NSIRINWETA ILU IGBO · CHINEDUM E. OFOMATA

NSIRINWETA

CHINEDUM E. OFOMATA

Akwụkwọ a bụ edemede Odee dere maka ntuteugo n'ogo Nzere Keabụọ dị elu (Mastas) n'ihe ọmụmụ Asụsụ na Omenaala Igbo (M.A. IGBO) na ngalaba Lingwistiks/Ọmụmụ Nzikọrịtaozi/Igbo (Linguistics/Communication Studies/Igbo) na Mahadum Steeti Abia nke dị n'Uturu (Abia State University, Uturu). Ọ bụkwa n'Igbo ka Odee dere ya bụ edemede Tesisi (Thesis) bụkwa nke hidoro isi na nchọcha na nnyocha pụrụ iche o mere banyere Ilu Igbo.

Edemede a bụ NSIRINWETA ILU IGBO kọwara nke ọma ihe niile o dere maka Ilu Igbo n'ime akwụkwọ a bụ ndị nke gụnyere ***Ilu Igbo, Nkọwa Ilu Igbo, Mmebe Ilu Igbo, Nghọta Ilu Igbo, Nkuzi na Mmụta dị n'Ilu Igbo, Myiri na Ndịiche Ilu Igbo na Atụmatụ Okwu ndị ọzọ, Myiri na Ndịiche Ilu Igbo na Atụmatụ Agụmagụ ndị ọzọ, Nkọwa na Nghọta miri emi dịcha iche iche banyere Ilu Igbo, Echiche ndị Ọkammụta dị iche iche banyere Ilu Igbo, Nsirinweta Ilu Igbo*** dgz. Akwụkwọ a karịrị ma gafee akwụkwọ ndị e derela maka Ilu Igbo bụ ndị nke gbadoro ụkwụ naanị n'idepụta Ilu Igbo ma nye nkọwa Ilu ndị ahụ.

Ọ bụ mgbe i mepere akwụkwọ a ma gụọ ya ka ị ga-eji mata n'ezie na o nwere ihe atụrụ jiri kara ewu ogologo. Maka na ọ bụ ugo gbuzuo, ọ chakee. Ka Chukwu dube anyị.

ISBN: 978-8116-25-6

GOLDFINGERS PUBLICATION LTD
84 OBIAGU RD.
P.O. BOX 729, ENUGU
ENUGU STATE, NIGERIA
Phone: 08033393296
Email: formatpublishers30@g-mail.com

NSIRINWETA ILU IGBO

(ILU IGBO, NKỌWA YA NA NSIRINWETA YA)

CHINEDUM E. OFOMATA

GOLDFINGERS PUBLICATION LTD
84 Obiagu Road
P.O. Box 729
Enugu, Enugu State, Nigeria
Phone: 08033393296

Published by:
GOLDFINGERS PUBLICATION LTD
84 Obiagu Road
P. O. Box 729
Enugu, Enugu State, Nigeria
Phone: 08033393296
E-mail: formatpublishers30@gmail.com

Mbipụta Nke Mbụ 2016

© Chinedum E. Ofomata

ISBN: 978 – 8116 – 25 – 6

O nweghị Onye, Ndị, Òtù maọbụ Ụlọọrụ ọbụla nwere ike ịkọpịrị n'ụdị n'ụdị ọbụla maọbụ bipụta ihe ọbụla dị n'ime akwụkwọ a na-ebughị ụzọ nata ndị bipụtara ya bụ ndị **GOLDFINGERS PUBLICATION LTD** ikike zuru òkè.

NKWUPỤRỤ

Onye izizi ekele m na-agara bụ Chukwu onye nwe ụwa ma bụrụkwa onye kere anyị; n'ihi na a naghị ahapụ isiaka wee gbawa ụrịọm. Onye ọzọ ekele m na-agara bụ Prọfesọ M.C Onukawa bụ onye gbara mbọ n'ụzọ pụrụ iche n'ihazi edemede a. Ana m ekelesi ya ike maka mgbazịọnụ ya, ntuziaka ya na nduzi ya pụrụ iche iji were hụ na edemede a zara ogbuehi. Onye ọzọ m na-ekele n'ụzọ pụrụ iche bụ Prọfesọ G. I. Nwaozuzu maka ntuziaka ya n'edemede a n'ihi na ọ bụ ya bụ onyenduzi dị elu lebara anya n'edemede a. Nkọcha ya na mgbazịọnụ ya n'edemede a nyeere edemede a aka ka ọ chakee.

Agaghị m echefu ikele Dkt. Odz. R.I Ndimele bụ onyeisi ngalaba Linguistics/Communication Studies/Igbo na Mahadum Steeti Abia nke dị n'Uturu. Amaghị m otu m ga-esi kelee ya maka nkwado ya pụrụ iche, agbamume ya na nkwụdosiike ya n'ebe m nọ na kwa agụmaakwụkwọ m na ngalaba ọmụmụ ihe ọ bụ onyeisi na ya. Ọ gbakwara mbọ n'ụzọ juru m afọ ịhụ na ọ bụ ọkpa mmọnwụ jiri malite ọsọ ka mmọnwụ jiri lakpuo. O gosipụtakwara n'ezie na ọ bụ nwaanyị agamniihu mmadụ ibe ya na-adị mma.

Onye ọzọ m ga-ebunye ekele n'ụkpa bụ Maazị M.I Okafo. Ọ bụ Maazị M. I. Okafor bụ onyeisi ngalaba Linguistics/ Communication Studies/ Igbo, Abia State University, Uturu mgbe m batara na ya bụ ngalaba ịgụ IGBO maka ogo nzere nke Mastas (Masters Degree) n'ihe ọmụmụ Igbo. Ana m ekelesi ya ike maka ùgwù na nsọpụrụ pụrụ iche o jiri nabata m ozigbo m gbara ụkwụ na ya bụ ngalaba. Omume ọma ya na ịhụnanya ya n'ebe m nọ tutuu m gụchakwaa akwụkwọ na ngalaba ahụ mere ka m mata ma kwetakwa n'ezie na nwanne dị na mba. Ana m asị ya DEEDE KAA! Ana m ekelekwuazị ndịnkuzi niile nọ na ngalaba Linguistics/ Communication Studies/Igbo, Abia state

University, Uturu; ọkachasị Odz. Onukawa n'ihi nkwudosi ike ya na agbamume ya n'ụzọ na-enweghị atụ.

Ekele m na-agakwara Prọfesọ Inno Uzoma Nwadike bụkwa nnukwu onyenkuzi na Mahadum Nsụka (UNN), Prọfesọ N.E Emenanjo, Prọfesọ C. Okebalama, Prọfesọ Obed Anizoba, Prọfesọ Goddy Onyekaonwu, Prọfesọ Sam Uzochukwu, Profesọ B.O.A Oluikpe, Prọfesọ (Fada) J. Obi Oguejiofor (UNIZIK), Prọfesọ Okafor R.C. (Godfrey Okoye University, Enugu), Prọfesọ Ukwu I. Ukwu (Ebonyi State University), Dkt. Iwu Ikwubuzo, Dkt. Bright Nnabuihe, Uba Mgbemena, Dkt. B.I Mmadike, Maazị L.N Oraka, C.C Ekwealor, dgz.

Agaghịkwa m echefu ikele Engr. Ogwugwuam Ezeagwu, Barr. P.S Nwajagu, Maazị Onyia, Maazị Ikegwu, Maazị Oko, Maazị Okoronkwo dgz. bụ ndị m jekwugachara n'obodo ha dị iche iche ma bụrụkwa ndị m si n'aka ha were nweta nkọwa banyere ilu dị iche iche ndị obodo ha na-atụ na kwa otu ndị obodo ha siri nweta ilu ndị ahụ. Nkọwa ha, mgbaziọnụ ha na nduzi ha nyeere m aka nke ukwu na nchọcha m mere banyere edemede a.

Ka Chukwu dubenụ anyị n'ihi na ọ bụ Chi m na-edu m.

Chinedum E. Ofomata

NHUNYERE

Maka Chineke onye na-enye ndụ, amamihe, nghọta na echiche zuru oke.

Maka ndị niile na-agba mbọ n'ụzọ purụ iche n'ikwalite asụsụ na omenaala Igbo, na kwa ndị niile hụrụ asụsụ Igbo n'anya.

Maka ezinaụlọ m n'ihi nghọta ha na ịhụnanya ha n'ebe m nọ.

NDỊNAYA

Nkwupụrụ - - - - - - - 3
Nhunyere - - - - - - - 5
Ndịnaya - - - - - - - 6
Okwu Mmalite - - - - - - 9

ISI NKE MBỤ
Edemede Ndubata - - - - - - 12

ISI NKE ABỤỌ
Maka Nchọcha A Gbasoro N'Edemede A - - - 15

ISI NKE ATỌ
Uru Dị N'Ihe Ọmụmụ Banyere Ilu - - - - 21

ISI NKE ANỌ
Ntụle Edemede Dị Iche Iche Banyere Ilu Na
Nsirinweta Ha - - - - - - 23

ISI NKE ISE
Ntọala Ilu - - - - - - - 39

ISI NKE ISII
Akụkọala Ilu - - - - - - - 42

ISI NKE ASAA
Mbido Ilu - - - - - - - 45

ISI NKE ASATỌ
Usoro Nghọta Na Nkọwa Dị Iche Iche Banyere Ilu - - 49

ISI NKE ITOOLU
Asụsụ Igbo Na Ilu Igbo - - - - - 54

ISI NKE IRI
Ọnọdụ Ilu N'asụsụ Igbo - - - - - 77

ISI NKE IRINAOTU
Njirimara Ilu Igbo - - - - - - 88

ISI NKE IRINAABỤỌ
Ilu Igbo Na Usoro Itụ Ilu N'Asụsụ Igbo - - - 94

ISI NKE IRINAATỌ
Ilu Na Akpaalaokwu N'Asụsụ Igbo - - - - 101

ISI NKE IRINAANỌ
Myiri Dị N'Etiti Ilu Na Akpaalaokwu - - - 112

ISI NKE IRINAISE
Ndịiche Dị N'etiti Ilu Na Akpaalaokwu - - - 123

ISI NKE IRINAISII
Ọrụ Ilu Na-Arụ N'asụsụ Igbo - - - - 133

ISI NKE IRINAASAA
Ilu Ọkpụ Na Ilu Ọgbaraọhụrụ - - - - 140

ISI NKE IRINAASATỌ
Ilu Ọkpụ na Ilu Ọgbaraọhụrụ - Nsirinweta Ha
Na Nkọwa Ha- - - - - - - 141

ISI NKE IRINAITOOLU
Ilu Ọkpụ Igbo – Nsirinweta Ha Na Nkọwa Ha - - 143

ISI NKE IRIABỤỌ
Ilu Ọgbaraọhụrụ (Ilu Ndị Ugbua) Nsirinweta
Ha Na Nkọwa Ha - - - - - - 277

ISI NKE IRIABỤỌ NA OTU
Nchịkọta Edemede Maka Ilu - - - - 319

EDENSIBỊA - - - - - - - 323

OKWU MMALITE

N'agbanyeghị nnukwu ọrụ ilu na-arụ n'asụsụ Igbo, uru pụrụ iche ọ bara n'asụsụ Igbo na kwa oke mkpa ọ dị n'asụsụ Igbo, **e nwebeghị nchọpụta zuru oke ma mie emie e mere banyere nsirinweta ilu.** Dịka n'oge ugbua ọ dịzị ka asụsụ Igbo ọ na-adanye na mmiri, ọ bụ ihe kwesịrị ekwesị ka e jikọọ aka ọnụ were zọpụta ya site n'ịhụ na ilu bụ mkpọrọgwụ ji asụsụ Igbo bụ nke e mere ihe nchọpụta banyere ya, chọpụtachaa ha, kọwaa maka ha ma deekwa maka ha. Ụwa ugbua bụ ụwa na-awụ ọsọ n'ịrụpụta ihe omimi dị iche iche. O kwesịkwara ka ilu ahụ bụ asụsụ miri emi bụrụkwa nke e mere ọkpọkọpị nchọpụta banyere ya ma dee maka ya n'uju iji were mee ka asụsụ Igbo kwụdosie ike ma bụrụ nke ọgbọ erighị n'ọgbọ ọhụrụ a anyị nọ na ya ugbua. Nwachukwu –Agbada (2002: 3) nyekwara nkwado n'echiche dị otu a site n'ịkọwa:

> N'oge mkpu a na-eti na akwa a na-ebe bụ maka mmepe keteknọlọji, ọ bụghị ihe dị njọ ileba anya n'ụzọ dị ukwu n'okwu mmekọrịta, ebe echiche na nghọta bụkwa ihe ndị na-enyere aka nke ọma n'agamniihu sayensị.

Ilu sokwa n'agụmagụ ọnụ na kwa atụmatụ agụmagụ na-ehi ụdụ n'asụsụ Igbo. N'ezie, ọ bụ ihe kwesịrị ekwesị ka e leba anya nke ọma n'ihe gbasara ilu maka na ísí dị mma, àhụ adị mma. **N'ihi ya, edemede a bụ maka ilu Igbo, nkọwa ilu Igbo na kwa Nsirinweta ilu Igbo.** Asụsụ Igbo bụ asụsụ jupụtara n'ime atụmatụ okwu na atụmatụ agụmagụ bụkwa ihe ndị na-achọ asụsụ mma ma mekwaa asụsụ ka ọ dị ọkpụrụkpụ ma tozuo etozu. Ilu bụ otu n'ime atụmatụ okwu kacha were pụta ìhè n'asụsụ Igbo. Ọ bụkwa ilu ka ndị Igbo ji echi asụsụ ha ézè. Ọ bụkwa atụmatụ okwu na atụmatụ agụmagụ ka ndị Igbo ji ete okwu Igbo, ude, tinye ya úrù ma mee ya ka ọ maa abụba ma baa ụba na nghọta na

kwa na mmejupụta. Ụfọdụ n'ime atụmatụ okwu e nwere n'asụsụ Igbo bụ akpaalaokwu, egbeokwu, myiri, mbụrụ, nkwuma, ajụjụ nzaraonwe, igbuduokwu dgz. Ụfọdụ atụmatụ agụmagụ e nwekwara n'asụsụ Igbo bụ ilu, ụkabụilu, asịniilu, okwuntụhị, agwụgwa, soromchịa dgz. N'ezie, n'ime atụmatụ okwu ahụ na atụmatụ agụmagụ ahụ niile e nwere n'asụsụ Igbo, ilu kacha apụta ìhè ma n'asụsụ ma n'edemede Igbo. N'ime atụmatụ okwu niile, ilu bụ nke ọgbọ ọbụla maara maka ya ma werekwa ya na-asụ ọhịa n'asụsụ Igbo. Emenanjo (1989: 1) kọwakwara sị:

> Ilu bụ otu atụmatụ agụmagụ Igbo. N'ezie ọ na-adị ka ilu ọ bụ atụmatụ Igbo kara ndị ọzọ… maka
>
> (a) Ilu na-eji ụzọ ngọrịngọ ezipụta ihe ọ na-ekwu; ọ naghị ezipụta mbunuuche ya bawam.
> (b) A na-akpị okwu nke ukwuu n'ime ilu, ọ dịghị mkpụrụokwu ọbụla a ga-ahụ n'ilu, e jiri chọọ ya mma. E wepụ mkpụrụokwu ọ bụla n'ilu ọ bụla, ilu ahụ agaghị abụcha ihe ọ bụ. Ilu ọbụla na-adị ka fọmụla nke bụ na e wepụ akara ọ bụla n'ime ya uju ya na mma ya arụọ.
> (ch) N'ihi na a na-akpị okwu nke ukwuu n'ilu ọ bụ nhụrụnuuche na nnụrụnuuche na mgbaama ka ilu ji ezipụta ihe ọ na-ekwu.

N'ezie, n'asụsụ Igbo, ilu bụ isi n'atụmatụ asụsụ Igbo niile n'ihi na ọ bụ ogiri bụ isi ofe. Dịka e siri kọwapụta n'elu, ilu nwere ọtụtụ ihe mere ya o jiri dị iche n'atụmatụ okwu na atụmatụ ndị ọzọ e nwere n'asụsụ Igbo.

Ihe ọbụla nọ n'ụwa tinyere asụsụ nke mmadụ na-asụ, nke asụsụ Igbo so n'otu n'ime ha nwere otu o siri malite ma nwekwuazị otu

e siri guzobe ya. Ilu Igbo nwere otu e si enweta ya, emebe ya ma na-eguzobe ya. Ọ bụghị naanị na ilu Igbo nwere otu e si enweta ya, o nwekwara usoro a na-agbaso na ụzọ a na-eso ma a na-atụ ya. A naghị ekwu ilu ekwu, kama ọ bụ ọtụtụ ka a na-atụ ilu, n'ihi na ọ bụ aka naabọ ka e ji ebu arụsị.

Isi Nke Mbụ

EDEMEDE NDUBATA

Ilu Igbo bụ atụmatụ agụmagụ maọbụ atụmatụ okwu asụsụ Igbo ji eme ire n'ọgbọ okwu. Ọ bụ n'ime asụsụ Igbo ka ilu Igbo dị. N'ala Igbo na kwa n'asụsụ Igbo, ndị Igbo na-ewere onye maara ilu Igbo dịka onye maara ihe nke ọma, onye ńụjuru ara nne ya afọ nke ọma, onye maara ekwu okwu na kwa onye e ji eje mba. Ndị Igbo na-ahụtakwa onye anaghị aghọta ilu dịka onye amamihe ya na nghọta ya na ndụ na-eruchaghi ala nke ọma. Ọ bụ nkwenye dị otu a kpatara ndị Igbo ji were na-atụ ilu were na-ekwu na onye ọbụla a tụọrọ ilu ma kọwaara ya matakwa na ego e jiri lụọ nne ya lara n'iyi. Ihe ilu a na-akọwa bụ na o kwesịkwara ka onye nọ ebe a tụrụ ilu ghọta ihe ilu ahụ a tụrụ na-akọwa n'ihi na ọ bụ ọnọdụ dị otu ahụ ga-egosipụta onye ahụ dị ka onye maara ihe. Dị ka Nwachukwu – Agbada (2002: 5) siri kọwaa:

> O nwere ọtụtụ ihe kpatara ilu ji were bụrụ okwu ọnụ dị mkpa n'omenaala Igbo. Otu n'ime ihe ndị mere ilu ji ada ụda n'etiti ndị Igbo bụ maka nghọta miri emi jupụtara n'ime ya.

Ọ bụ ilu ka onye Igbo maara ekwu okwu n'asụsụ Igbo ji aghụ okwu ya ahụ ma werekwa na-akọwapụta onwe ya. Ilu na-eme ka okwu Igbo na-aga werewere ma dịkwa ụtọ na ntị. Okwu ilu dị n'ime ya na-arọ arọ ma dịkwa ọkpụrụkpụ na nghọta. Ọ bụ site n'ilu ka onye Igbo na-esi egosipụta na echiche ya n'okwu zuru ezu ma kwụzuo akwụzuo. N'ezie, ilu mere ka asụsụ Igbo ju eju ma kwụrụ chịm.

N'ezie, ilu Igbo bụ okwu amamihe miri emi, mana o nwekwara okwu amamihe ndị ọzọ jupụtara n'asụsụ Igbo. Tupu 1984, a na-ewere ma na-akọwakwa ilu Igbo dị ka atụmatụ okwu. Ilu bụ otu n'ime ọkpụrụkpụ atụmatụ okwu e nwere n'asụsụ Igbo. Mana,

ugbua e kewapụtara ilu ka ọ bụrụ ma sorokwa n'atụmatụ agụmagụ. Emenanjo (1989: vii) kọwapụtara na e mere nchọpụta ma kwekọrịtakwa n'echiche ọhụrụ a mgbe 'E nwere ọgbakọ a na laabụ amụmamụ nka nkuzi n'Alvan Ikeoku Kọlejì Keedukeshọn n'Owere, Imo steeti site n'abalị 13 ruo 22, na Nọvemba 1984'. Ọ kọwapụtakwara na 'Atụmatụ agụmagụ bụ aha ọhụrụ a sị na a ga na-akpọkọdozi ihe ndị a niile – ilu, asịniilu, nkọniilu, ụkabụilu, soromchịa, agwụgwa na okwuntụhị. E nwekwara atụmatụ okwu dị iche iche n'asụsụ Igbo. Nwadike (1992: 114) kọwara sị:

> Atụmatụokwu bụ ụmụ iriiri nkaokwu ndị a na-ewebata n'asụsụ iji chọọ ihe a na-ekwu mma. N'agụmagụ, ha na-abịa ugboro ugboro ma na-enye agụmagụ ebube, mekwaa ka nghọta na mpụtara ihe e kwuru gbanwee.

Ma atụmatụ agụmagụ ma atụmatụ okwu, ha niile bụcha okwu nka na okwu amamihe ndị Igbo ji eme ka asụsụ ha kwụrụ chịm, daa ụda ma nwee nghọta dị omimi. Mgbe ụfọdụ a na-ahụta ma atụmatụ agụmagụ ma atụmatụ okwu dịka ilu. Okebalama (2003: 91) kwadokwara echiche a site n'ịkọwapụta sị:

> Ọ na-abụ a sị mmadụ nye ntapị ilu na bekee, ọ sị na ọ bụ Proverb. Nke a adịghị njọ, kama ọ bụrụ na a gaa n'ime obodo wee hụ ihe ndị Igbo gụnyere n'ilu, a ga-ahụ na ọ bụghị naanị ihe ndị bekee kpọrọ proverb bụ ya bụ ilu. E nwere ọtụtụ ilu.

Emenanjo (1989: 61) n'ịkọwapụta maka atụmatụ okwu na ihe dị iche iche n'etiti ya na ilu mere ka a mata sị:

> Atụmatụ okwu nwere ike ịbụ otu nkebiokwu ma ọ bụ ahịrịokwu (N'ezie, n'echiche ndị okenye, ụfọdụ atụmatụ agụmagụ, nke ka nke, ụkabụilu na soromchịa, ilu, asịniilu na nkọniilu, okwuntụhị bụchasịrị atụmatụ okwu n'ihi na ha na-eji ha achọ ekwumekwu ha mma.)

Okebalama na Emenanjo, site na nkọwa ha emeela ka a mata na ọtụtụ ndị Igbo, ọkachasị ndị okenye na ndị nọ n'ime obodo na-ahụta ụfọdụ atụmatụ agụmagụ na ụfọdụ atụmatụ okwu dị ka ilu. Umeasiegbu ((1989: 11) kọwakwara na ihe atụmatụ agụmagụ ụfọdụ ọkachasị agwụgwa 'ji were dị iche n'ebe ilu dị bụ na imeta ya nke ọma na-abụkanarị n'uhuruchi, ma ọ bụ n'abalị' Ebeogu (2012: 30) na nkọwa nke ya banyere atụmatụ agụmagụ na atụmatụ okwu kọwara sị:

> Nka okwu nke agụmagụ ọnụ bụ ndị e ji ekwupụta okwu na iji were kpaa ụbụbọ maka inweta nkwenye a chọrọ. Ha bụ ilu, ụkabụilu, gwa m gwa m gwa m, akpaalaokwu, ụrọokwu na kwa atụmatụ okwu ndị ọzọ.

Ilu Igbo na nka okwu dị iche iche ndị Igbo ji ekwu okwu nwechara otu e si eji ha ekwu okwu ma nwekwuazị otu ha siri malite.

Isi Nke Abụọ

MAKA NCHỌCHA A GBASORO N'EDEMEDE A

Akwụkwọ a bụ Nsirinweta Ilu Igbo nwere ụzọ dị iche iche e siri were gbasoo usoro nchọcha ya. Ebe ọ bụ na edemede a gbadoro ụkwụ na Nsirinweta Ilu Igbo, nke gụnyere ilu, otu e si ewube ilu, nkọwa ilu, nghọta ilu, ilu na nka okwu ndị ọzọ ga e nwere n'asụsụ Igbo, nchọcha e mere n'edemede a gbadoro ụkwụ n'ịjụ ase nke ọma n'ala Igbo iji were nweta ihe a na-achọ.

N'ala Igbo, asụsụ Igbo bụ asụsụ e ji wee mara ndị Igbo. Mana, e nwere obodo dị iche iche na mpaghara dị iche iche mejupụtara ala Igbo. Obodo niile ahụ na mpaghara ndị ahụ niile e nwere n'ala Igbo nwechara olu asụsụ dị iche iche nke a maara dị ka **Olundị**, na kwa usoro otu ha si ebi ndụ dị ka nke a maara dị ka **Ọdịbendị.** N'ịgbaso usoro nchọcha edemede a, Odee gbara mbọ gbatụchaa ọkpa n'obodo ụfọdụ e nwere n'ala Igbo.

Iji were mee nchọpụta dara aka ma gbaa ezigbo ọkpụrụkpụ na Nsirinweta Ilu Igbo, agara m obodo ụfọdụ iji were mata otu nkụ dị be ha si eghere ha nri. N'ezie o nweghị mgbe m ga-agacha n'obodo niile e nwere n'ala Igbo iji were mata ka ha si enweta ma na-ewube ilu Igbo maka na mgbada nyụọ ka enyi, ukwu awaa ya. Mana o nwere ụzọ m si were mee ka ya bụ ije beere m nkenke.

Iji were mee ka isi mma kwe m njide aka, e kewara m ala Igbo ụzọ mpaghara ise dị ka Olundị ha na Ọdịbendị ha. Ụzọ mpaghara ise ahụ e kewara ala Igbo site n'olundị ha na ọdịbendị ha bụ Mgbago Ugwu ala Igbo (Northern Igbo), Mgbadata Ugwu ala Igbo (Southern Igbo), Ọwụwa Anyanwụ ala Igbo (Eastern Igbo), Ọdịda Anyanwụ ala Igbo (Western Igbo) na kwa Etiti ala Igbo

(Central Igbo). Obodo na olundị dị na Mgbago Ugwu ala Igbo (Northern Igbo) bụ: Ọhaọzara, Abakeleke (Abakiliki) Nsụka (Nsukka), Ụbụrụ, Ọkpọsị, Izaa (Ezaa), Izii (Ezzih) dgz. Na Mgbadata Ugwu ala Igbo (Southern Igbo) obodo na olundị ndị dị na ya bụ: Ngwa, Okigwe, Ọhụhụ, Item, Ụmụahịa, Ọlụ (Orlu), Ikwere, Owere (Owerri), dgz. Na Mpaghara Ọwụwa Anyanwụ ala Igbo (Eastern Igbo), Igbo ndị dị na ya bụ: Afikpo, Arọchukwu, Abam, Ọhaọfịa, Abịrịba, dgz. Igbo ndị dị na mpaghara Ọdịda Anyanwụ ala Igbo (Western Igbo) bụ Asaba, Kwale, Abọ (Abọr), Ọrọna, Agbọ (Agbor), Ụbụlụukwu, Ọbọmkpa, Ézí, Ịlaa (Illah), Iseleukwu, Ụkala, dgz. N'etiti ala Igbo (Central Igbo), Olundị na obodo ndị dị na ya gụnyere: Ọnịcha (Onitsha), Ihiala, Nri, Udi, Ọka (Awka), Arọndịizuọgụ, Enugwuukwu, Orumba, Ụjarị (Ajalli), Nanka, Igboukwu, Ogbunka, Otuocha, Mkpọọ (Nkpor), Idemmiri (Idemmili), Abagana, dgz.

Nkewa Igbo na mpaghara na mpaghara ndị a m mere dị ka olundị na ọdịbendị ndị Igbo si were kwụrụ gbadokwara ụkwụ n'ihe Ilogu (1985: 2) dere banyere ndị Igbo na ka ha si were biri bụkwa nke gbadoro ọkpa na **"Forde and Jones division of Ibo (sic) land into five subcultural areas"**. Nwachukwu – Agbada (2002: xvii) site na nkọwa nke ya banyere otu ndị Igbo si wee biri na mpaghara ha bigacha mere ka a mata ya site n'idepụta sị:

> Ndị mgbagougwu Igbo na ndị Idoma nwere oke, ebe ndị Igbo bi na mgbadataugwu na ndị Ịjọ na ndị Ogoni gbara agbataobi.

Agbara m mbọ ịhụ na m gbara ọkpa o pekata mpe otu obodo n'ime mpaghara niile ahụ m kewara ala Igbo iji mata otu ha si atụ ilu Igbo na kwa ka ha si enweta ma na-ewube ilu na mpaghara be ha. Obodo ọbụla nke m gara na mpaghara ala Igbo ọbụla maka ịgba ajụjụọnụ na kwa ime nchọpụta banyere

Nsirinweta Ilu Igbo, ọkachasị otu ha si enweta ma na-ezipụta ilu na be ha bụ nke m weere ka ọ nọchite mpaghara ọ nọ na ya.

Iji were nweta ihe m na-achọ, ụgbọ bujere m Ọhaọzara (Nothern Igbo). Obodo dịkwanụ n'ime Ọhaọzara East Local Government Area m gara bụ Ugwulangwu. Ọhaọzara dị na steeti Ebonyi. N' Aniọma (Western Igbo), obodo m gara ebe ahụ bụ obodo a na-akpọ Ézí. Ézí bụ obodo dị n'okpuru ọchịchị ime obodo mgbago ugwu Aniọcha na steeti Delta (Aniocha North Local Government Area, Delta State) Obodo ndị gbara obodo a bụ Ézí okirikiri bụ Ọnịcha, Ọrọna, Ụkala, Ọbọmkpa dgz. Olundị e jiri mara obodo Ézí bụ olu Aniọma maọbụ Ìká. Otu n'ịme ilu ndị Ezi bụ:

i. O so Nwaọba kụọ ọka, ọ ga-ekwu onye ga-edu a chụọ uloko.

Nkọwa ilu a n'Igbo Izugbe bụ:

i. Onye so ọgaranya kụọ ọka n'ubi ga-ekwu onye ga-eso ya chụọ nnụnụ.

Ilu ọzọ kwa ndị Ézí na-atụ bụ:

ii. Ịkwọ aka ka wa ga-eji ma onye ga-agbagbu nli.

Nkọwa ilu a n'Igbo Izugbe bụ:

iii. Ọ bụ n'ịkwọ aka ka e si ama onye ụbụ nri.

Obodo Arọ m gara bụ Ụjarị(Ajalli). Ndị Ụjarị kwuru na ha bụ ndị Arọ. Ha na-emekwa ihe niile ndị Arọ na-eme. Mgbe ọbụla, oge ọbụla, ihe ọbụla ha na-eme na ebe ọbụla ha nọ ha na-akọwa na ha bụ ***Arọ Oke Igbo***.

Mpaghara etiti ala Igbo (Central Igbo) obodo m jụkwara ajụjụ na ya banyere nchọpụta na nchọcha m mere bụ obodo a na-akpọ Nanka. Nanka dị n'Orumba North Local Government Area nke dị na steeti Anambra.

Obodo ọzọ dị na mpaghara etiti ala Igbo (Central Igbo) m gara bụ obodo a na-akpọ Ụmụaga Obodoeze nke dị n'okpuru ọchịchị ime obodo Udi (Udi Local Government Area) nke dị na steeti Enugwu (Enugu state). Otu n'ime ilu okwu ndị Udi na-atụ bụ:

i Agbọghọ rịawakwa, ọ rịawalụ nne na nna, ọ dịhụkwa ọ dịhụrụ ụmuokorobịa.

Nkọwa ilu a n'Igbo Izugbe bụ:

i. Agbọghọbịa rịawa ọrịa, ọ rịawara nne na nna, ahụ dịkwa ya mma, ọ bụrụkwa nke ụmụokorobịa.

Obodo ọzọ m gara dị n'etiti ala Igbo (Central Igbo) bụ Uruku. Uruku dị n'ime Enugu East Local Government Area nke dị na steeti Enugwu (Enugu State). Otu n'ime ilu ndị Uruku na-atụ bụ:

i. Ọ ghụ nde jere Owo w^{h}ụrụ Ega

Ọ bụ site n'ihe mere na be ha n'oge tere aka ka e siri nweta ilu a.

Ntụgharị ilu a dị n'olu Uruku, n'olu Igbo Izugbe bụ:

(i) Ọ bụ ndị gara Owo hụrụ Ega.

Ilu ọzọ kwa ndị Uruku na-atụ bụ:

ii. Ị mara na ị nagụ ekwo nfu, e mewhubena obene.

Nkọwa ilu a dị n'olu Uruku n'olu Igbo Izugbe bụ:

ii. Ị mara na ị naghị ezu ohi, e metụkwala obele mmanya dị n'elu nkwụ, aka.

Ebe ndị ahụ niile m gara maka nchọcha banyere Nsirinweta ilu Igbo, agbaghị m aka were gaa n'ihi na eji m ihe ndị ga-enyere m aka nke ọma na nchọcha m mere.

Otu n'ime ngwaọrụ m ji were gaa ọtụtụ ebe ndị ahụ m gara bụ akwụkwọ ndetuihe (note book). Ka m na-aga, ka m kpa akwụkwọ ndetuihe m n'aka n'ihi na ọ bụ n'ime ya ka m na-edetu ihe niile m na-anụ na kwa ihe niile a na-agwa m banyere obodo m bịara na ya na kwa, ilu, nghọta ilu, nsirinweta ilu, mwube ilu na ihe niile banyere ilu ha na-atụ.

Ka m jikwa akwụkwọ ndetuihe m ka m kpakwa akwụkwọ nchetaihe (dayarị) m n'aka. N'ezie, e kere ọrụ ọrụ eke. Nke ọbụla na-arụ ọrụ ya n'ụdị nke ya. Akwụkwọ nchetaihe (dayarị) m jikwa were na-eme njem nchọcha niile ahụ bụ nke m ji echeta ebe maọbụ obodo m ga-eje, ebe m garala, onye m na-achọje maọbụ onye m na ya kparịla, ụbọchị m ga-aga maka ịgba ajụjụọnụ maọbụ ụbọchị m garala gbaa ya bụ ajụjụọnụ, ihe ndị m chọrọ ịjụ ajụjụ maka ha, dgz.

Ahapụghịkwa m igwe mwereokwuọnụ (tepu rekọda). Ọ bụ igwe mwereokwuọnụ (tepu rekọda) ka m ji wee na-ewere ihe niile si n'ọnụ onye m na-agba ajụjụọnụ were na-apụta kpọmkwem. Ajụjụ niile m jụrụ ndị niile m jekwuuru maka nchọcha m a bụ ndị m ji igwe mwereokwuọnụ wee wekọrọ ihe niile ha kwuru na otu ha siri kwuo ha.

Foonu nyekwaara m aka na njem nchọcha m mere. O nyeere m aka nke ukwu iji were na-eyi àgbà maka ụbọchị na oge m ga-abịa maka ajụjụọnụ. Ejikwa m ya see foto, weta ọnụokwu ndị m gbara ajụjụọnụ dgz.

Ihe ọbụla mmadụ na-eme ga-enwerịrị ọgbatuhie maọbụ nribiụkwụ ga-adị na ya. Enwere m nhịahụ dị iche iche na nchọcha m banyere Nsirinweta Ilu Igbo. Otu n'ime nhịahụ m nwere bụ na ọ hịara m ahụ inweta ndị okenye maara maka ntọala na mwube Ilu Igbo. N'oge ugbua, onye ọbụla n'ala Igbo na-

emezi bekee, inweta onye anya ruru ala, onye maara maka ilu na nkaokwu dị iche iche n'asụsụ Igbo hịara m nnukwu ahụ.

Ihe nhịahụ ọzọ m gabigara bụ na obodo ụfọdụ ndị m gara techara aka. Ụfọdụ n'ime obodo ndị ahụ bụ ndị ụzọ e si aga ha jọchara njọ. Ego e jikwanụ aga ebe ndị ahụ dị nnukwu ma galaa ezigbo ọnụ.

Ihe ọzọ nyekwara m nnukwu nsogbu na nchọcha m banyere edemede a bụ Olundị. Ọ bụ eziokwu na obodo niile ahụ m gachara bụ obodo ndị dịcha n'ala Igbo, mana olu asụsụ ha dịcha iche. Ihe ha na-asụ bụ asụsụ Igbo, mana otu ha si asụ asụsụ Igbo dịcha iche iche. Ọ bụghị otu ndị a si asụ asụsụ Igbo ka ndị ọzọ si asụ. Agbalịrị m n'ụzọ pụrụ iche n'ịghọta olu asụsụ ndị m na ha kparịtara ụbụbọ banyere ilu Igbo na nsirinweta ilu Igbo dị ka o siri dị n'obodo ha.

Ọ bụ eziokwu na m na-ekwu na olu asụsụ Igbo dị iche iche m zutere mgbe m na-eme nchọcha a hiara m ahụ, mana nke kacha were gbaa m ọsịsịọ bụ idetu olundị ndị ahụ n'akwụkwọ dị ka e siri kwuo ha, na kwa isite n'olundị (Igbo dialect) ndị ahụ ga, were weta ihe niile ha gwara m ma kọwaara m n'Igbo Izugbe (Standard Igbo).

Ọzọ kwa bụ na imirikiti nsereokwu e jiri dee edemede a bụ nke ndị nwe ha ji asụsụ bekee dara ụda were dee ma bụrụkwa ndị nke m tụgharịrị n'Igbo. Ntụgharị ọtụtụ n'ime ha n'asụsụ Igbo bụ nke tara nnukwu akpụ n'ihi ụdịrị okwu bekee ndị dere ha jiri dechaa ha. Mana, agbalịrị m ike m ịhụ na owu banyere n'anya agā.

Isi Nke Atọ

URU DỊ N'IHE ỌMỤMỤ BANYERE ILU

N'ezie, edemede a banyere Ilu na kwa Nsirinweta Ilu Igbo bara nnukwu uru n'asụsụ Igbo, n'etiti ndị Igbo nwe asụsụ Igbo na kwa ndị niile na-amụ maka asụsụ Igbo. Otu n'ime uru ọ bara bụ na ọ ga-eme ka a mata nke ọma banyere ilu, nsirinweta ilu na nkọwa ya. N'ala Igbo, n'asụsụ Igbo na kwa n'okwu Igbo, ilu dị ezigbo mkpa ma bụrụkwa ihe ndị Igbo ji eweli onwe ha elu n'okwu. Ndị Igbo bụ ndị e ji amamihe na ịgba mbọ were mara. Okwu ha niile na echiche ha niile bụ ihe ndị na-ejupụta n'amamihe. Ọ bụkwa n'okwu ilu ka ha si egosipụta okwu amamihe ha. N'ihi nke a, edemede a ga-eme ka a mata nke ọma ihe bụ ilu, otu e si emebe ilu na kwa ọrụ dị iche iche ilu na-arụ n'asụsụ Igbo.

Akwụkwọ a banyere Nsirinweta ilu bara nnukwu uru n'ihi na ọ ga-enyere aka n'ụzọ purụ iche ka ndị na-asụ asụsụ Igbo, ndị na-amụ asụsụ Igbo na kwa ndị na-eme nnyocha na nchọcha banyere **ILU** mata otu ndị Igbo si enweta ilu ha, ka ha si emebe ilu Igbo na kwa ka ha si ewube ya. Ihe ọbụla anyị nwere n'ụwa a nwere otu anyị siri nweta ya maọbụ otu anyị si enweta ya. Ọ bụ otu ahụ ka o siri dị n'ebe ilu ndị Igbo na-atụ, dị, n'ihi na o nwere otu e si enweta ilu anyị na-atụ n'asụsụ Igbo. Edemede a kọwaputara ya nke ọma.

Edemede a mekwara ka a mata maka ilu ọhụrụ e nwere ugbua n'asụsụ Igbo. A kọwapụtakwara n'ime edemede a ka e si amata ilu ọhurụ ma marakwa nkọwa ha, otu e siri nweta ha na usoro ndị ugbua si ewube ilu ọgbaraọhụrụ e nwere ugbua.

Na mmechi, akwụkwọ a bụ Nsirinweta Ilu Igbo baara ndị Igbo na asụsụ Igbo uru n'ihi na o mere ka a mata ihe kwesịrị ka a

mara n'ilu Igbo ma mekwaa ka ndị Igbo mata otu e siri nwetachaa ilu ha na-atụ na otu e si enweta ma na-ewube ilu. O mekwara ka ndị Igbo mara ka e si eji ilu Igbo ekwu okwu. Ọnọdụ dị otu a ga-eme ka ilu Igbo hapụ ịnwụ ma bụrụkwa nke na-eto eto maka onye ọbụla tufuru òpì o ji akpọku ụmụnna ya, ụbọchị ihe oku dapụtara, o were ọnụ ya mee opi.

Isi Nke Anọ

NTỤLEGHARỊ EDEMEDE DỊ ICHE ICHE BANYERE ILU NA NSIRINWETA HA

E lebara anya n'ọtụtụ edemede dị iche iche banyere edemede a bụ NSIRINWETA ILU IGBO ma tụlegharịa ha n'ụzọ kwesịrị ekwesị ma daba adaba.

E lebara anya ma tụlegharịa edemede ndị e dere maka ilu Igbo na kwa echiche ndị odee ụfọdụ derela maka ilu, na kwa ihe ndị banyere ilu, n'akwụkwọ a. Oluikpe (2004: 110) n'akwụkwọ ya rụtụkwara aka na Ntụlegharị Edemede, na ọtụtụ ụmụakwụkwọ na-ede naanị maka echemiche karịa itụlegharị edemede. N'edemede a, a ga-eleba anya ma n'echemiche ma n'edemede ga, ma tụlegharịa ha. N'ezie, e nwere akwụkwọ olenaole e dere maka ilu Igbo. E nwebeghị ọtụtụ akwụkwọ banyere ilu Igbo. Ọzọ kwa bụ na ọ nwebeghịkwa akwụkwọ ọbụla e nwere gbasara **Nsirinweta Ilu**. Naanị akwụkwọ gbubiiri ya bụ oke a na-achụ ọdụ bụ akwụkwọ nke Nwadike (2009) dere. Akwụkwọ a kọwara maka ilu ma rụtụkwa aka nwantakịrị n'ihe gbasara Nsirinwta Ilu Igbo.

A gaghị akọwanwu onye izizi dere maka ilu Igbo n'akwụkwọ. Mana, a maara na e nweela ndị odee, ma ndị odee ndị ọcha, ma ndị odee ndị Igbo, ndị derela ma kọwaa maka ilu Igbo ebe ọbụla ha dere maka ndị Igbo, asụsụ Igbo na kwa omenaala ndị Igbo. Akwụkwọ a ga-asị na ọ bụ ya bụ akwụkwọ izizi dere maka ilu kpọmkwem ma kpokọọ ilu n'ụzọ dị ọtụtụ bụ akwụkwọ nke Ogbalu (1965) dere. N'ezie, akwụkwọ a gbalịrị n'ụzọ dị ukwu n'ịchịkọta imirikiti ilu Igbo dị iche iche na kwa nkọwa ha. Mana ya bụ akwụkwọ enweghị otu o siri kọwaa maka nsirinweta ilu Igbo. Ka o wechara ihe ruru afọ irinaise, odoziakụ Davids (1980) dekwara akwụkwọ maka ilu Igbo. Ilu okwu Igbo Davids

chịkọbara n'akwụkwọ ya ahụ dị otu puku, narị na iriitoolu na ise (1195 Proverbs) n'ọnụọgụ. Akwụkwọ ahụ dịkwa ihuakwụkwọ otu narị na iriise na asaa (157 pages). N'akwụkwọ ahụ, ihe Davids mere bụ na o depụtara ilu ndị ahụ e derela ọnụọgụ ole ha dị ma nyekwa nkọwa elu elu (literal meaning) na nkọwa omimi (deep meaning) ilu ndị ahụ na bekee. N'akwụkwọ ahụ Davids dere, o nweghị ihe ọzọ o dere banyere ilu ndị Igbo na-abụghị naanị idepụta ilu okwu ma kọwaa ihe ọ pụtara na bekee. Ogbalu (1978) wepụtakwara akwụkwọ ilu ọzọ. Ilu niile dị n'akwụkwọ ilu a gbasara mmekọrịta na edina nwoke na nwaanyị n'ala Igbo. Ilu niile Ogbalu chịkọbara n'akwụkwọ a dị otu puku, narị na iriabụọ (1120 proverbs on sex). Ilu niile dị n'akwụkwọ a bụ ilu ndị Igbo ji akọwapụta onwe ha, egosipụta ọnọdụ ha na akparamagwa ha banyere okwu gbasara nwoke idina nwaanyị maọbụ nwaanyị idina nwoke na ndụ ndị Igbo. Ilu ndị ahụ niile e depụtara enweghịkwa nke a kọwara akọwa ma n'Igbo, maọbụ na bekee. O nweghịkwa etu akwụkwọ ahụ siri rụtụ aka na nkọwa ilu na kwa nsirinweta ilu Igbo. E nwekwara akwụkwọ ilu ndị ọzọ e nwere. Ọ bụkwa n'asụsụ bekee ka e dere akwụkwọ ilu ndị ahụ. Otu n'ime ha bụ nke Eke (1995) dere. Akwụkwọ ilu ahụ nwere ihuakwụkwọ iriitoolu (90 pages). Akwụkwọ ilu ọzọ kwa bụ nke Mbachụ (1998) dere. O nwere ihuakwụkwọ otu narị na iriatọ na abụọ (132 pages). Ọ bụkwa n'asụsụ bekee ka o dere ya.

Akwụkwọ ọzọ chịkọbara ilu ma nye nkọwa ilu ndị ahụ ọ chịkọbara bụ akwụkwọ Okafo (1999) dere. Ilu ndị Okafo depụtara n'akwụkwọ ahụ ma nye nkọwa ha nke ọma n'asụsụ Igbo dị otu narị na iriasatọ na abụọ (182 proverbs) n'ọnụọgụ. N'ime akwụkwọ ahụ kwa, ọ chịkọbara ma depụta ọtụtụ ilu ndị ọzọ o nyeghị nkọwa ha. Naanị ndepụta ka o depụtara ilu ndị ahụ dị ka ndị Igbo si atụ ha. Ilu ndị ahụ o depụtakwara n'akwụkwọ ya na-enweghị nkọwa ọbụla o nyere ha dị narị abụọ na iriatọ (230 proverbs) n'ọnụọgụ. Akwụkwọ ahụ Okafo dere dịkwa ihuakwụkwọ otu narị na irinaanọ (114 pages). O nweghịkwa ihe

ọbụla Okafo dere n'akwụkwọ ahụ banyere ihe bụ ilu n'asụsụ Igbo, atụmatụ okwu na atụmatụ agụmagụ ndị ọzọ e nwere n'asụsụ Igbo.

Akwwụkwọ ọzọ m gụrụ dere maka ilu bụ nke Okoro (2007) dere. O dere akwụkwọ ilu a na bekee. Ọnụọgụ ilu dị n'akwụkwọ ahụ dị puku atọ na irianọ (3040 proverbs). Ọ bụkwa na bekee ka o dere ilu niile dị n'akwụkwọ ya ahụ nwere ihuakwụkwọ dị narị atọ na irianọ na atọ (343 pages). O nweghịkwa ilu ọbụla dị n'ime akwụkwọ ahụ o dere n'Igbo. O nweghịkwa nkọwa ọbụla gbasara ilu maọbụ ntụle ọbụla banyere ilu o mere n'akwụkwọ ahụ. O nweghịkwa ụzọ o siri metụ aka maọbụ dee maka Nsirinweta Ilu Igbo. Agụkwara m akwụkwọ ilu ọzọ nke Onwudufor (2007) dere. Ilu Onwudufor depụtara n'akwụkwọ ya dị narị asatọ na iriisii na otu (861 proverbs). N'ime ilu niile ahụ o depụtara, ọ kọwara nke ọbụla n'ime ha n'ụzọ dị nkenke. Ọ tụgharịkwara ma ilu, ma nkowa ilu ọbụla dị n'akwụkwọ ilu ahụ o depụtara, n'asụsụ bekee. Ọ gbalịkwara ikọwa ilu niile ahụ o depụtara na nkega na nkega dị ka o siri metụta usoro ndụ, omume, akparamagwa na ọnọdụ ndị Igbo. Mana, akwụkwọ ya enyeghị nkọwa banyere ilu n'uju dị ka o siri metụta otu e si atụ ilu, nghọta dị n'ilu, ndịiche na myiri dị n'ilu na atụmatụ okwu na atụmatụ agụmagụ ndị ọzọ e nwere. O nweghịkwa ihe ọbụla akwụkwọ ahụ dere banyere **Nsirinweta Ilu Igbo**. Ọ gbalịrị n'iji Igbo Izugbe were dee akwụkwọ ilu ahụ. Akwụkwọ ilu ahụ Onwudufor dere adighi ka akwụkwọ Ilu Davids (1980) dere. Akwụkwọ ilu ahụ Davids dere na-ahịa ahụ ọgụgụ n'ihi na o deghị ya n'Igbo Izugbe. O dere akwụkwọ ilu ndị ahụ n'Olundị. N'ezie, olundị ka e jiri depụta ọtụtụ ilu dị n'akwụkwọ ahụ. Iji were maa atụ:

i. Abaị abaị, awaị awaị na-ewe nwanyị be ụlọ iwe (Davids – (1980: 4)

(To cook yam and roast yam at the same time, provokes the housewife.)

Davids nyekwara nkọwa ilu a na bekee. Nkọwa o nyere ya na bekee bụ:

i **Doing things to extreme annoys i.e taking too much liberty.' '**Imeru ihe n'isi na-ewe iwe, ya bụ mmadụ ime ihe ka o siri masị ya.'

Ilu ọzọ kwa Davids depụtara n'olundị bụ:

ii A na-ata ofe achị ọchị anaghị ama na ofe na elu ilu Davids (1980: 39)
(When one smiles while taking bitter cabbage, people do not know it is bitter)

Davids depụtakwara nkọwa ilu a n'asụsụ bekee:

iii **'A mature person covers up or contains an ill feeling or anger with a composed equable expression.'**
Onye zuru oke na mmadụ na-edi mwute maọbụ iwe a kpasuru ya site n'iwetu ahụ ala were kwupụta okwu.

Ihe niile Davids dere n'akwụkwọ ya bụ usoro a ka ọ gbasoro n'ịkọwa ha. Akwụkwọ ilu ọzọ bụ nke Onyekwere (2011) dere**.** Akwụkwọ a dị ihuakwụkwọ narị abụọ na iriasatọ na anọ (284 pages).

E nwekwara akwụkwọ ilu ọzọ m gụrụ nke Nwachukwu – Agbada (2002) dere. Akwụkwọ ahụ dị ihuakwụkwọ narị abụọ na iriatọ na isii n'ọnụọgụ (236 pages). Asụsụ Nwachukwu – Agbada jiri dee akwụkwọ ilu ahụ bụ asụsụ bekee. Mana ilu niile e depụtara dịka ọmụmaatụ na kwa iji were kọwaa ihe ọ na-ede

n'akwụkwọ ahụ bụ ndị o dere n'Igbo ma tapịakwa ha n'asụsụ bekee. N'akwụkwọ ahụ Nwachukwu – Agbada dere na bekee banyere ilu Igbo, o gosipụtara etu okenye si were ihe ọ ga-enye nwata were dowe n'elu uko nke mere ka ihe ahụ bụrụzịa *'aka eru n'uko'*. Usoro na akanka o jiri dee akwụkwọ ahụ kọwara na ọ dị ka ndị o deere akwụkwọ ahụ bụ naanị ndị ya na ha hà n'ogo na mmụta. Aka o jiri dee akwụkwọ ahụ na-eme ka ọsịsịọ zuo onye ọbụla nwere mmasị n'ihe ọmụmụ banyere ilu na-agụ ya, ahụ, nke ga-eme ka onye ahụ na-ajụ onwe ya ma ya bụ úgwú ọ ga-ekwekwa ọrịrị. N'ihi ya, nkuzi, mmụta na nghọta dị n'ime akwụkwọ ahụ nọtere ndị o deere ya aka. O kwesịrị ka anyị mata na ihe ọmụmụ banyere ilu bụ nke ejetebeghị aka. O nweghịkwa ọtụtụ akwụkwọ nkuzi na akwụkwọ edemede banyere ya. Ọ bụ ihe ọmụmụ a chọrọ ọtụtụ ndị odee, ndị mmụta, ndị nnyocha na nchọcha, na ya. Nwachukwu – Agbada (2002: 28) kwenyekwara na nke a site n'ịkọwapụta:

> Ihe ọmụmụ banyere ilu bụ nke a malitere ọhụrụ n'ihe ọmụmụ omenaala, anyị ekwesighị ime ka mmụọ imụta ya, ịtụ ya na iji ya kuziere ndị mmadụ ihe jụọ oyi.

N'ezie, Nwachukwu – Agbada gbalịrị nke ọma n'ịtụta ụtụ nke ya n'ihe ọmụmụ banyere ilu. Mana, ekwenyechaghị m n'echiche ya na kwa n'edemede ya banyere ilu (Proverbs) na asịniilu (wellerism). Nwachukwu – Agbada ekwetaghị chaachaa na nkọwa Emenanjo mere banyere ilu (Proverbs) na asịniilu (wellerism) na kwa nnabata Emenanjo nabatara asịniilu (wellerism) dị ka okwu nka n'asụsụ Igbo na kwa dị ka otu n'ime atụmatụ okwu e nwere n'asụsụ Igbo. Ebe Nwachukwu – Agbada gbadoro ọkpa were jụ na nkwenye Emenanjọ banyere ndịiche dị n'ilu (ilu) na asịniilu (wellerism) bụ na o kwuru ma na-akọwa na ahịrịisi (matrix clause) ahụ Emenanjo kwuru ma dee na ọ bụ ya mere asịniilu (wellerism) jiri dị iche n'ilu (proverb) bụ nke e

nwere ike wepụ maọbụ bughariạ, mwepụ ya maọbụ mbugharị ya agaghị emetụta echiche dị n'okwu nka ilu ọ (ahịrịisi) dị na ya. N'ihi nke a, na okwu nka ahụ Emenanjo kpọrọ asịniilu (wellerism) abụghị asịniilu kama na ọ bụ ilu (proverbs). Nke a bụ ihe Nwachukwu – Agbada (2002: 23) dere banyere echiche ya maka isiokwu a:

> Nghọta Emenanjo banyere etu asịniilu siri dị iche n'ilu bụ nke ọ kọwaghị. Iji ahịrịisi were sị na ọ bụ ya ka asịniilu ji were dị iche n'ilu adabaghị. Ahịriisi bụ nke e nwere ike iwebata n'ilu maọbụ n'asịniilu, maka na ndị Igbo bụ ndị e ji ntụle n'asụsụ wee mara. E nwere ike iweghari ọnọdụ mkpụrụokwu ma nwetakwa myiyi maọbụ nhụrụnuuche ilu nke na-egosipụta ijikọ aka ọnụ wee rụọ ọrụ n'okwu maọbụ na nghọta okwu.

Nwachukwu – Agbada (2002: 24) gakwara n'ihu n'iwepụta ihe ọmụmaatụ iji were kọwaa onwe ya nke ọma na kwa otu o sighị kweta n'echiche na kwa nkọwa Emenanjo banyere **wellerism** (asịniilu) ịdị iche n'ilu Igbo. O dere:

> Asịniilu nke isii n'edemede Emenanjo dere: Enwe sị na ọ fọdụrụ nwa ntịntị ka iku rụọ ya ihu (mma), ahịrịisi dị na ya bụ "Enwe" nke Emenanjọ kọwara na ọ bụrụ na ọ dighị ya, na okwu ahụ abụghịzi asịniilu. Onye na-ekwu okwu maara na ndị ọ na-agwa okwu maara okwu ahụ nwekwara ike ịhapụ okwu ahịrịisi ahụ ma tinye echiche nke ya site n'ịsụ ihe dịka "Ụmụnna, ọ fọdụrụ nụ nwa ntịntị ka iku rụọ m ihu" Nke a abụghịzi enwe na-ekwu kama ọ bụzị onye na-ekwu okwu kwuru ya.

Onye ọzọ kwụkwa ebe Nwachukwu – Agbada kwụ n'ebe ilu (proverb) na asịniilu (Wellerism) dị, bụ Opata (1994). Opata ekwetaghịkwa chaachaa n'echiche Emenanjo banyere ndịiche dị n'ilu (proverb) na asịniilu (wellerism). Ọ bụ otu ahụ Nwachukwu – Agbada si were chee banyere ilu na asịniilu ka Opata siri gosipụtakwa echiche nke ya. Opata (1994: 62) kwupụtakwara n'edemede ya sị:

> Nkọwa ndakọrịta ime, bịambịa mgbochi, bịambịa ụda na mmagbaụda, kwunkwugha ndịiche na ndanusoro bụ ndị a naghị ahụ n'asịniilu mana ha na-aza ka eze azụ n'ilu na abụ (P. 72) dị ka Emenanjọ siri dee n'edemede ya, anaghị enye anyị nkọwa asịniilu maọbụ ilu. Dị ka o siri dị, ọ bụrụ na a na-akọwapụta asịniilu dịka ilu e kwuru ekwu, a mara na ndịiche Emenanjọ na-achọ iguzobe adabaghị. N'ihi ya, o kwesiri ka a nabata na usoro asụsụ na mma okwu nka bụ ndị kacha were bụrụ isi a hụrụ were kwaba okpu n'agbata oke ilu na asịniilu, a ga-achọpụta na nkwenye na edemede Emenanjọ adabaghị site n'ihe ndị ọ gbadoro ụkwụ na ya iji were zipụta ndịiche dị n'etiti ilu na asịniilu.

N'iji were kpokọọ okwu, Nwachukwu – Agbada (2002: 27) kwenyekwara n'echiche na edemede Ugonna (1974) nke na-akọwa na ndị Igbo na-ahụta okwu nka niile, ma atụmatụ okwu ma atụmatụ agụmagụ dị ka ilu site n'ide:

> … Na ọnọdụ pụrụ iche nke a na-enye okwu ọnụ ụfọdụ dị ka soromchịa, nkọniilu, ụkabụilu

> dgz bụ nke na-adabachaghị ebe ọ bụ na ndịiche dị n'etiti ha abụghị nke pụtara ihe nke ọma.

Mana, Okebalama (2002: 91) kọwakwara n'edemede nke ya banyere echiche na edemede Ugonna, bụ ebe Nwachukwu – Agbada gbadoro ụkwụ were mee nkọwa nke ya site n'ime ka anyị mata:

> N'ihe odide nke Nnabụenyi Ugonna dere n'ọnwa asatọ n'afọ 1974, o kwuru na ọ bụ n'ihi ahụghị okwu ọzọ na bekee ka e ji were proverbs ka ntapị okwu a kpọrọ ilu, na ọ karịrị proverb.

Nwachukwu – Agbada na Opata ekwetaghị na nkọwa Emenanjo na kwa ihe ịmaatụ ya banyere 'wellerism' n'asụsụ Igbo. Opata kwupụtara hoohaa na o nweghị ihe bụ Wellerism (asịniilu) n'asụsụ Igbo dị ka Emenanjo siri kweta ma kọwaa. Opata (1994: 68) kwuru ma kwusie ike na ihe ahụ Emenanjọ kporọ asịniilu (wellerism) n'atụmatụ agụmagụ Igbo bụ ilu, na ọ bụghị 'wellerism' (asịniilu). Ọ kọwakwara na ***Wellerism*** bụ ilu ma bụrụkwa asịniilu. Lee ndepụta ya banyere echiche ya na nkọwa ya ahụ:

> …. O doro anya nke ọma na ilu na asịniilu bụcha okwu ọnụ ndị Igbo maara dị ka ilu. Ọrụ ha bụ iji were dozie ma hazie ọnọdụ. Na nkamma, ha bụ ọdụ maọbụ mbụrụ na-eduba n'ụdịrị ilu. Ọ bụrụ na ọ bụghị etu ahụ ka e siri chee ya n'etiti ndị Igbo, ọ gaara inwe aha ọzọ maọbụ ụzọ ọzọ a ga-esi kọwaa ya karịa ịhụta ya dịka ilu. Na mgbakwụnye, a gaghịkwa eji ya were na-ekwu okwu otu a e si ewere ilu were na-ekwupụta okwu ọnụ nka. N'asụsụ bekee a kọwara asịniilu dịka ilu e kwuru ekwu.

> Na nkọwa, a gaghị asị na ọ bụ ilu ma kwusịkwa idowe ya n'ọnọdụ ụdịrị ilu n'otu oge. Asịniilu n'ikwu hoohaa bụ ilu.

Mana Emenanjo (1989: 68) kọwakwara na Asịniilu bụ otu okenụụdị atụmatụ agụmagụ. Asịniilu yiri ilu n'ịbụ otu ahịrịokwu dị ụtọ na ntị dị ofele na ncheta ma dịkwa omimi na nghọta. Okebalama, (2003: 93) kwetakwara na Asịniilu ji ememmadụ kwara ngwa ọrụ ka o si ekwupụta 'sị' na 'sịrị', na-ada ka a ga-asị na ọ bụ eziokwu. N'akwụkwọ nke Ofomata (2007: 196) dere, ọ kọwara sị:

> Asịniilu so n'otu n'ime atụmatụ okwu nka dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo. Asịniilu bụ okwu nka na-eyitebe ilu mana ọ dị iche n'ilu. Mana ya na ilu bụcha okwu nka ndị Igbo ji edozi okwu nke ọma.

N'ihi nke a, asịniilu bụ okwu nka ndị Igbo, atụmatụ okwu miri emi na echiche kwụụrụ onwe ya. Na mgbe ọbụla e wepurụ ihe, tinye ihe maọbụ bugharịa ahịrịokwu atụmatụ okwu maọbụ atụmatụ agụmagụ ọbụla, ọ ga-eme ka ụtọ dị n'okwu ahụ, echiche miri emi dị na ya na kwa nkuzi dị n'ime ya dịzịa ka akamụ gbara mmiri maọbụ nri, nnu adighị na ya.

Ọ bụ ọnọdụ dị otu a ga-eme ka m rụtụ aka n'edemede Adindu (2012) dere. N'edemede ahụ, ọ kọwara na o kwesịrị ka e were okwu Igbo, echiche ndị Igbo na nghọta ndị Igbo dị ọhụrụ were dochie aha, okwu Igbo, echiche na ọnàrà (experience) tarala ọjị ma tachaa nchara dịcha n'ilu Igbo e nwere. Dịka Adindu siri kọwaa, ọ sịrị na imirikiti ilu Igbo e nwere bụ nke ndị gboo wepụtara n'oge nke ha, nke mere na aha okwu, echiche, ọnàrà (experience) bụcha ndị mere ochie, ma tachaa nchara. Na o kwesịrị ka e were ọnọdụ ọhụrụ, ndụ ọhụrụ, usoro ọhụrụ, aha

ọhụrụ, echiche ọhụrụ, ọnara (experience) ọhụrụ e nwere n'ọgbọ ugbua were gbanwoo ha. Iji were kwadoo echiche ya na nkọwa ya n'okwu a, Adindu (2012: 109) dere sị:

> Ilu ndị ahụ na-egosipụta usoro ndụ na nghọtaokwu ọnara ndị ọgbaraọhụrụ bụ ndị a tụrụ anya ka o were nwayọọ na-abanye n'asụsụ akpanka ma werekwa nwayọọ na-anọchi anya myiyi ndị esoghịzi n'egwu.

Adindu akwụsịghịkwa n'ebe a. Ọ gakwara n'ihu were depụta ụfọdụ ilu ọmụmaatụ iji were zipụta nkwenye ya, ebumnuuche ya na echiche edemede ya nke ọma banyere ilu n'oge agba ochie nakwa n'oge agba ọhụrụ.

N'ezie, o nweghị otu m siri were kweta chaachaa maọbụ nabata n'ụzọ abụla ụzọ n'echiche Adindu banyere ilu na ọmụmaatụ ndị ahụ dị n'edemede ya n'ihi na o kwesịrị ka anyị mata ma ghọtakwa nke ọma na:

i. Ilu Igbo anaghị aka nka. O nweghị ilu bụ ilu ochie n'ihi na ihe e ji amata égbé karịrị ibe ya bụ égbé bụ égbé nkanka nku.

ii. Ka chi na-efo, ka ilu na-akawanye mma, atọwanye ụtọ ma na-adịwanye ire n'ihi na ihe e ji ama oke dibịa maọbụ ochie dibịa bụ nkịrịnka akpa afa.

iii. Ilu bụ echiche miri emi nke Chineke si n'ọnụ onye maọbụ ndị kwuru ya were wepụtara anyị. Ilu abụghị okwu nkịtị maọbụ okwu mmadụ nkịtị, kama ọ bụ okwu amamihe e wepụtaara anyị maka

echi. Okwu ilu yitere okwu dị n'akwụkwọnsọ n'ihi na ka chi na-efo ka ọ na-adị ka e dere akwụkwọnsọ ụnyahụ. Otu ahụ ka o siri dị n'ebe ilu dị, n'ihi na onye maara atụ ilu were ya na-ekwu okwu, ọ dị ka okwu agwụla agwụ.

iv. Ilu kwesịrị ka ọ dị ka e si were tụọ ya n'ihi na itinye etinye maọbụ iwepụ ewepụ n'ilu Igbo na-emebi ilu Igbo, gbuo ilu ma mee ka ilu ghakwara izu oke maọbụ dị ire dị ka o siri kwesị.

v. Aha ihe ndị ahụ maọbụ mkpụrụokwu ndị ahụ e siri na ha nweta ilu maọbụ mebe ilu so were na-eme ka ilu sie ike na nghọta, bụrụ okwu miri emi ma bụrụkwa okwu chọrọ nkọwa.

vi. Ilu, na mpaghara Igbo dị iche iche maọbụ n'olundị dị iche iche na-enyere aka n'iwulite akpaokwu n'asụsụ Igbo (Igbo vocabulary). Nke a ga-enyere aka ka asụsụ Igbo zuo oke.

O kwesighịkwa ka anyị na-ahụta okwu Igbo maọbụ ilu Igbo ụfọdụ dịka ndị merela ochie ma takwaa oji n'ihi nghọta anyị nke si na mmekpa ahụ asụsụ mba ndị ọzọ dịka asụsụ bekee na-emekpa asụsụ Igbo. Ọ bụ ya kpatara Oluikpe (1977: 28) jiri kwuwaa ya ka o doo anya:

> Nsogbu dị na ya bụ na o teelarị aka afọ juru anyị site n'ịnabata ọnọdụ a hụghị ka e mere n'iji asụsụ bekee were na-etetọ asụsụ anyị site

> n'ịnabata na ya bụ asụsụ ọtụtụ mkpụrụokwu a ga-ewepụtanwu mkpụrụokwu ha kwụzuru akwụzu n'asụsụ Igbo.

N'ezie, ihe jupụtara n'ụwa bụ mgbanwe. Mgbanwe na-ewerekwa ọnọdụ n'ebe asụsụ nọ. Ọ bụ chi na-efo, asụsụ a na-eto ma na-agbanwekwa site n'otu ndị nwe ya si were na-akwado ya ma na-akwalitekwa ya. O kwesikwara ka anyị mata na mmekọrịta asụsụ onye na asụsụ ndị mba ọzọ maọbụ agbụrụ ọzọ na-eweta oke mmekpa ahụ na mgbanwe n'ụzọ nyere nsogbu n'asụsụ onye ahụ. Ọ bụ ya kpatara Madubuike (2012: 149-150) ji were rụtụ aka sị:

> Asụsụ Igbo bụ asụsụ mgbanwe na-abata na ya site n'ọtụtụ ihe ọhụrụ na ihe ọhụrụ na-abata na ya. Nke a na-egosipụta ịda mmiri ndị na-asụ asụsụ Igbo na-ada. Ọtụtụ n'ime anyị amaghịzi asụ asụsụ Igbo. Anyị nwere ike ikwu na asụsụ Igbo anwụbeghị mana anyị ga-ekwetarịrị na asụsụ Igbo na-alazi ala ka naị ma bụrụkwa nke kwesịrị ka a kwalite ya. Ọ bụrụ na asụsụ tewe ụkwụ, ndị na-asụ ya esorokwa ya tewe ụkwụ. O nweghị mgbe ọ ga-abụ a na-ekwu maka asụsụ a hapụ ịkpọta ndị na-asụ ya aha. N'ihe gbasara asụsụ, anyị niile bụ ndị Igbo nọ na nsogbu. Anyị niile bụ ndị asụsụ agwaraọgwa na-enye nsogbu ugbua, nke mere ka anyị soro na-egbu asụsụ Igbo. Asụsụ agwaraọgwa na-akacha apụta ìhè ma ọ bụrụ na mmadụ na-asụzu asụsụ abụọ maọbụ atọ, nke ga-eme onye dị otu ahụ sụọ otu n'ime asụsụ ndị ahụ ọ maara nke ọma dị ka onye ọ bụ naanị otu asụsụ ka ọ maara ma bụrụkwa nke ọ na-asụ. Ọtụtụ ndị dị otu a na-asụzu asụsụ abụọ maọbụ atọ bụ ndị

> anaghị asụnwuzi asụsụ nsinamba maọbụ sụọ ya nke ọma n'ihi otu ha si ewebata asụsụ ndị ọzọ n'asụsụ ha ma ha na-asụ ya maọbụ na-ede ya… Na mkpokọta, mgbe ọbụla onye nwe asụsụ hapụrụ ịsụ asụsụ ya, ọ na-eme ka onye ahụ gharakwa ịbụ ọkaibe n'asụsụ ya, nke kachakwa eme nke a bụ mmadụ chụsowere asụsụ maọbụ olundị ka ada ụda na gburugburu ebe ọ nọ. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpatara e jiri nwee asụsụ agwaraọgwa a na-akpọ Engligbo n'asụsụ Igbo, maọbụ Hausanchi n'Awụsa maọbụ Yoruenglish na Yoruba.

Mana, o kwesịrị ka anyị mata na mgbanwe anaghị abata n'okwu nka, ya bụ: atụmatụ okwu na atụmatụ agụmagụ. Mgbanwe ọbụla bata na ya, echiche ya na ozi ọ chọrọ izi agaghị ezu oke. Ọ bụ eziokwu na asụsụ bekee na asụsụ Igbo bụcha asụsụ, asụsụ , mana o kwesịrị ka anyị mata na ọ bụghị usoro, mmụta na nghọta e jiri soo asụsụ bekee ka a na-eji eso asụsụ Igbo maka na ọ bụ nkụ dị na mba na-eyere mba nri. Oluikpe (1977: 29) na nkwado ya n'okwu a kọwakwara ma mee ka anyị mata sị:

> Ọ dịịrị anyị mma bụ ndị a gbara ume nke ọma ka anyị mụọ asụsụ bekee iji were nwee ugwu n'etiti ndị be anyị. Mana ọ bụghịzi otu ahụ ọ dị mgbe ahụ ka ọ dị ugbua nke mere na ndịntorobịa ugbua na-ajụzi ajụjụ ihe kpatara asụsụ ndị ọcha ji were buru oche nọdụzịa ala na be anyị… ka anyị zọpụtanụ ụmụaka anyị n'ọnọdụ obi ikoro n'elu na kwa ụzọ ịgbata anọ ha nọ na ya ugbua site n'ịsụ asụsụ ha na-ese n'elu na ya site n'iwepụta akpaokwu Igbo n'ụdị dabara adaba.

Nwachukwu – Agbada (2002: 28) na mkpọkọta okwu ya, rụtụkwara aka sị:

> Ihe ndị ahụ dị ka nkenụụdị, ilu ịdọrọ ka iyi, nkọwa ndọkọ, ilu nkwụgba, ụdịdị ilu, nkwupụta usoro ndụ site n'ilu, naanị ịkọpụta ole a, kwesịrị ka ọ na-echu ndị ọkamụta anyị ụra, mana o kwesiri ka ihe ọbụla anyị ga-eme bụrụ nke gbadosiri ọkpa ike n'omenaala bụ ebe echereche anyị ga-esi nwee nghọta.

N'ezie, e nwere akwụkwọ na edemede olenaole e dere maka ilu Igbo. E nwebeghị ọtụtụ akwụkwọ banyere ilu Igbo. Site na nnyocha m banyere ọmụmụ na edemede maka ilu Igbo, achọpụtara m na o nwebeghịkwa edemede ọbụla kụụrụ ọnụ e nwere gbasara Nrisinweta Ilu Igbo. Ogbalu (1981: 5) mekwara ka anyị mata na n'oge gara aga, e nweghị ọnọdụ nkuzi, ọmụmụ na ọgụgụ ilu. Ugbua, e nweela ụfọdụ akwụkwọ e dere maka ilu mana o nwebeghị nke e dere maka **Nsirinweta Ilu Igbo**. Akwụkwọ ndị ahụ e dere maka ilu bụ akwụkwọ ndị na-edepụta ilu ndị e nwere ma na-enyekwa nkọwa ha. Ụfọdụ n'ime akwụkwọ ndị ahụ ndị tụgharịrị ilu ndị ha chịkọbara, n'asụsụ bekee bụ Davids (1980), Eke (1995), Mbachu (1998), Okoro (2007), Osuji (2009), Igbo (2012) dgz, dere. Davids (1980: 5) kọwara sị:

> Nke a bụ nkọwa elu elu e ji asụsụ bekee were kọwaa ilu, maka onye ọbụla ighọta ihe e dere n'akwụkwọ a tinyere ma ndị anaghị asụ maọbụ na-ede asụsụ Igbo.

Davids mere nkọwa a iji were gosipụta ụdịrị uru ilu bara na kwa mkpa ọ dị n'etiti ndị Igbo na kwa n'ime asụsụ Igbo. N'ihi na onye ọbụla na-amụ asụsụ Igbo, maọbụ onye Igbo maọbụ onye

bekee, ga-amata n'ezie na ilu bụ ofe e ji eri ụtara n'asụsụ na okwu Igbo. Okebalama (2003: 91) mekwara ka anyị mata:

> Ilu bụ owere ahụ n'ihi na ọ na-adị na-adasị n'ọnụ ndị Igbo n'oge ọbụla, n'ọnọdụ ọbụla, n'ebe ọbụla, n'ihi, n'ime obi ha maọbụ n'ime ahụ ha ka ọ mịrị ka mkpụrụ osisi. Ilu bụ ngwa ọrụ echiche n'ihi na ụdị echiche e ji ewube ilu dị egwu.

N'ezie, 'ilu bụ ngwa ọrụ echiche n'ihi na ụdị echiche e ji ewube ilu dị egwu.' Ihe okwu a na-akọwa bụ na onye ọbụla na-atụ ilu, onye a na-atụrụ ilu, onye na-aghọta ilu na kwa onye maara maka okwu ilu bụ onye maara ihe nke ọma ma nwee echiche miri emi. Ilu abụghị maka onye uche ya ezughị oke. Ilu bụ maka ndị ụbụrụ ha na-atụ nkọ ka agụba. Iwepụta ilu n'olundị adighịkwa njọ n'ihi na ọ na-enyere asụsụ aka ka ọ too site n'ibuli akpaokwu asụsụ. Davids (1980: 5) dere ma kwupụta:

> N'iji were wepụta akpaokwu juru eju, asụsụ n'ụzọ dị iche iche dịka e siri asụpụta ya n'olundị ga e nwere n'obodo dị iche iche e nwere n'ala Igbo, ụdịrị aha kebeanyị dị iche iche, enweghị ihe ọzọ, bụ ndị a kwadoro ma depụta…

N'iji were kwadoo ihe Davids dere, Echeruo (2014) n'edemede ya kọwakwara nke ọma na sị:

> Ọtụtụ n'ime anyị nwere ike anyị agaghị aghọta ihe bụ ilu n'ihi ikekwe mkpụrụokwu olundị dịcha n'ime ya. E kwenyere ma mata n'ezie n'ihe na-eme asụsụ ka o too ma kwụrụ chịm bụ olundị dịgasị iche iche ọ na-ezipụta. Ka anyị

> na-amata olundị ndị a ka anyị ga-anabata ma na-ewelita isi anyị elu dị ka ndị maara asụ asụsụ Igbo.

Ilu ọbụla e si n'olundị ndị Igbo were nweta na-akọwa ma na-egosipụta usoro na nghọta ndị ahụ banyere ndụ. Okafor (2001: 2) kọwara sị:

> Ndị Imezi-Owa na-asụ Igbo n'olundị dịwagara iche. Dị ka ndị Igbo ndị ọzọ, ọ bụ okwu ilu ka ha ji aba okwu ime ma werekwa ya na-egosipụta okwunka. Ilu niile dị n'akwụkwọ a bụ nke e si na nchọcha gbasara aka were mee ma bụrụkwa nke e deturu n'akwụkwọ dị ka otu ndị Imezi-Owa si asụ ya na nnọkọrịtaọnụ ha na kwa mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'ọgbakọ mmemme.

N'ezie, ilu Igbo ebuka. Ọ bụ ìdé ji ụlọ ma bụrụkwa okeosisi ụmụnnụnụ na-ebere n'elu ya n'asụsụ na omenaala Igbo. Mana, ihe ọmụmụ na ihe edemede banyere ya dị ezigbo ntakịrị. O nwebeghịkwa akwụkwọ e dere n'uju banyere Nsirinweta Ilu Igbo. Ebe ọ bụ na a gaghị ekwu maka asụsụ Igbo were hapụ ikwu maka ilu Igbo, ọ bụ ihe kwesịrị ekwesị na ihe ọmụmụ banyere ilu, nghọta ilu na ịtụ ilu, nkọwa ilu mmebe ilu, mwube ilu na nsirinweta ilu, bụrụ nke a bagidesiri ike ma na-emesi ya ike.

Isi Nke Ise

NTỌALA ILU

Ilu bụ echiche miri emi e ji achọ okwu mma. Ọ bụkwa ụzọ kwụ ọtọ e si eme ka okwu a na-ekwu rọọ arọ, kwụrụ ọtọ ma tọkwuazị ụtọ. Ọ bụ nkwneye dị otu a kpatara e ji ahụta ilu dị ka okwu amamihe na-eme ka okwu nwee nghọta miri emi. Ilu bụ okwu nghọta ya na-adị n'ime ya. Ọ bụ ya kpatara nke a tụrụ anya na ọ bụ onye maara ya ga-aghọta ya. Ilu bụkwa ozuru mba ọnụ n'ihi na ọ bụghị naanị n'asụsụ Igbo ka ilu dị. Ilu jupụtara n'ọtụtụ asụsụ e nwere na mba ụwa. E nwekwara ọtụtụ nkọwa dị iche iche banyere ilu.

Ọtụtụ ndị ọkammụta enyela nkọwa dị iche iche banyere ilu. Otu onye n'ime ndị ọkammụta ndịa bụ Nordquist (n.d) kọwara ilu dị ka okwu dị nkenke jupụtara na nghọta na eziokwu ma bụrụkwa nke kpịkọrọ ahụmihe n'ụzọ ncheta. Carvantes (n.d) gakwara n'ihu kọwaa ilu dị ka 'okwu dị nkenke gbadoro ụkwụ n'oglogo ahụmihe'. N'ezie, ilu bụ okwu etoghị ogologo jupụtara n'okwu amamihe na kwa nghọta miri emi a na-eji ekwu okwu mgbe ọbụla ma bụrụkwa nke na-ewepụta eziokwu na usoro kwesịrị ekwesị e si akpa agwa na kwa omume dabara adaba. Ilu, nke ihe ọmụmụ banyere ya bụ nke a kpọrọ '***paremiology***' na bekee bụ okwu akọ maọbụ okwu amamihe jupụtara n'eziokwu na ezigbo omume ma bụrụkwa nke e ji akụziri ndị mmadụ ịkpa agwa dị mma na ime ezigbo omume. Emenanjo (1989: 1) kọwara sị:

> Ilu bụ ihe a naghị atụ ya na mpụ. Ọ bụ ihe mee, ndị okenye atụọ ilu ya na ya kwesịrị ịga. Na nke a ilu yiri asịniilu na ụkabụilu na soromchịa.

Ilu bụ okwu e ji ekwu okwu iji were mee ka okwu a na-ekwu daa ụda ma nwee nghọta miri emi. O kwesikwara ka a mata na ọ bụghị naanị na 'ilu yiri asịniilu na ụkabụilu na soromchịa kama ha niile bụcha okwu a maara dị ka atụmatụ agụmagụ. Emenanjo (1989: 1) gakwara n'ihu were kọwaa ka o doo anya sị:

> Anyị niile maara ihe atụmatụ okwu bụ n'Igbo. Mana mmadụ ole maara ihe bụ atụmatụ agụmagụ? N'ezie, okwu a bụ 'atụmatụ agụmagụ bụ aha ọhụrụ a sị na a ga na-akpọkodozi ihe ndị a niile – ilu, asịniilu, nkọniilu, soromchịa, agwụgwa na okwuntụhị.

O nwekwara ndị ọkammụta ndị ọzọ nyekwara nkọwa ha na nghọta ha banyere ilu. Onye ọzọ n'ime ha bụ Honeck (1997) kọwara na ilu dị ka okwu ọnụ dị mkpa ma bụrụkwa nke gbagworo agbawo na nghọta bụ nke isiokwu ya gbadoro ụkwụ n'ọtụtụ echiche, ọmụmụ na ntụcha iji mee ka nkọwa ya doo ndị ọgụ akwụkwọ anya nke ọma. O wepụtara nkọwa ya banyere ilu n'ucheobi asaa bụ nke gụnyere onwe, keụdị, ekpemekpe, agụmagụ, nka okwu, ọdịnọgbara, ọdịbendị na kwa kenghọta okwu. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na ilu bụ nke a ga-atụnyere ọdịdị atụmatụ agụmagụ ndị ọzọ bụkwa nke e kwuru maka ya n'ime akọnauche na kwa mgbadosi ọkpa ike n'isi n'ụzọ ọzọ were na-enwe mmekọrịta. Emenyonu (1978) mere ka anyị mata:

> Ndị Igbo na-ahụta 'ilu dị ka mmanụ nke e ji eri okwu' ma bụrụkwa nke na-enyere aka ka nkọwa maka ilu bụrụ nke kwudosiri ike. Otu ahụ e si ewere akụkọifo were na-akọwa ilu na kwa ndịnaya, ọ bụkwa otu ahụ ka ilu si eji ụzọ miri emi were na-akọwa okwu n'agbanyeghị otu e siri kwupụta okwu. Ilu bụ nke a ga-eji

> tụnyere echemeche *philotimo* nke ndị *Greek* na kwa agụụ maka ike okwuọnụ.

Okafor (2004: 138) na nkọwa nke ya deputakwara sị:

> E nwebughị ọtụtụ agụmagụ ederede Igbo dị ka e siri nwee ya ugbua, mana e nwere agụmagụ ọnụ kwuzuru akwụzu ma dị omimi nke gụnyere ilu/inu. Ndị ọbụla nwere ike iji ilu were hazie ma wepụta nka okwu n'ụdịrị ụzọ ọbụla bụ ndị a na-akwanyere ugwu.

Udemmadụ (2015: 29) dere na 'e si n'ilu ezipụta nkwenye ndị Igbo, echiche, nsirihụndụ na omenaala ndị Igbo dị iche iche. Ashipu (2007) kọwara na ilu bụ otu n'ime asụsụ ọha ma bụrụkwa nke e ji asụsụ ndị, were na-ekwupụta.

Isi Nke Isii

AKỤKỌALA ILU

Asụsụ e nwere na mba ụwa niile gbaa gburgburu karịrị puku isii n'ọnụọgụ. N'ime asụsụ mba ụwa niile ahụ, asụsụ mba Afịrịka ruru puku abụọ n'ọnụọgụ. Asụsụ Igbo sokwa n'asụsụ mba Afịrịka ndị ahụ e nwere. Ọ dịka a ga-asị na asụsụ niile ahụ e nwere n'ụwa bụcha asụsụ nwechara ilu. Naanị asụsụ olenole n'ime asụsụ ndị a e nwere n'ụwa ka e nwere ike a gaghị enweta ilu na ha. Dị ka Noah (2009: 91) siri kọwapụta n'ederede ya, o mere ka anyị mata:

> A chọpụtala na o nweghị ihe dịka ilu n'etiti Ọstrelia, ndị India bụ ndị Amerịka, ndị Papua dị na Guni ọhụrụ, na kwa dịka Ruth Finnegan siri kọwaa, ndị imeọhịa nke ọdịda anyanwụ Afịrịka.

O nweghị onye ga-akọwanwu kpọmkwem mgbe ilu jiri malite pụtawa ìhè n'asụsụ, n'ụwa. Mana a na-akọwapụtakwa na mgbe izizi doro anya a chọpụtara maka ilu okwu bụ na n'afọ senchụrị nke irinaanọ (14th Century). Otu ahụ kwa ka o siri dị n'ebe asụsụ Igbo dị. O nweghị onye ga-akọwanwu mgbe nnanna anyị ha jiri malite tụwa ilu. N'ihi nke a, e nwere ike ịsị na ilu Igbo malitere mgbe asụsụ Igbo malitere. Maka na asụsụ Igbo bụ ilu Igbo, ilu Igbo bụrụkwa asụsụ Igbo. Ashipu (2007: 106) kọwakwara sị:

> Nka okwu ọma si n'otu asụsụ si arụ ọrụ n'ebe a naghị edetu ihe n'akwụkwọ were malite. Ebe a naghị edetu ihe n'akwụkwọ na-adịkarị n'etiti ọha ndị mmadụ, ndị usoro mmekọrịta ha, nchekwaba ha, nzikọrịtaozi ha na kwa isi n'aka nyefee aka, na-abụkanarị okwu ọnụ. Ọtụtụ

> asụsụ e nwere n'ime obodo dị iche iche enweghị mkpụrụedemede, n'ihi ya, ide ha n'akwụkwọ bụ nke ụdịrị obodo ndị dị otu ahụ amaghị maka ya. N'ihi ya, ilu bụ otu ọkpụrụkpụ ụzọ e si echekwaba nzikọrịtaozi bụ ya bụ ụzọ kacha mma e ji enwe mmekọrịta n'ụdịrị obodo ndị a.

Ihe Ashipu na-eme ka anyị ghọta bụ na ilu malitere pụtawa ihe mgbe e nwebeghị ịgụ na ide n'akwụkwọ. Na ọ bụkwa n'etiti ndị amaghị ede na kwa ndị amaghị agụ ka ilu selitere isi n'ihi na ọ bụghị naanị na ha ji ya emekọrịta n'asụsụ ha, ha jikwa ya echekwaba nzikọrịtaozi n'etiti onwe ha. N'iji were kwadoo echiche a, Emenyeonu (1978: 157) kwetakwara na 'Malite mgbe ochie, na agụmagụ n'Igbo gbara mkpọrọgwụ ya n'ilu n'ihi na ilu bụ nnukwu ihe e ji enye nduzi, akuzi ihe, egosi ihe ma werekwa na-akọwa ihe.' Nwadike (1981: 18) na nkọwa nke ya mere ka a mata:

> Ilu … bụ ọkpụrụkpụ okwu ndị mmadụ kwuru n'otu oge ma ọ bụ ọzọ, nke mechara, ndị ọzọ a na-eji ya ama atụ. Site n'ụzọ a ha ewuru ka okwu amamihe.

Zarella (n.d) kọwakwara na ilu bụ nke a maara n'ọtụtụ omenaala dịka amamihe ndị ọha ma bụrụkwa nke na-esi na mba fere mba ma banyekwa nke ọma n'asụsụ na omenaala ndị ọbụla ọ batara na nke ha ga-anabata ma werekwa ya na-eme okwu. Ọ gakwara n'ihu were kọwaa sị:

> Na mmalite, ọtụtụ ilu bụ nke a na-enweta na gburugburu ebe ọ bụ naanị nkwunọọnụ ka e nwere, n'ihi ya, ha na-ewepụta nnyeakancheta nke ga-adị ezigbo mkpa maka nchekwaba na

> nyefe nkwunọọnụ dị ka bịambịam mgbochi, ndakọrịta na ndanuusoro. Ha na-egosipụtakwa usoro ndinaya a na-ahụkanarị n'agụmagụ ọnụ dịka mmemmadụ na akpụokwu bụ ndị e si n'ilu mebe.

N'ezie, ilu bụ site nkwunọọnụ bụ okwu amamihe miri emi ka e si ewube ya, ma bụrụkwa nke a na-echekwaba, ma sikwa n'aka nyefee ya n'aka ọzọ maka iji were na-ekwu okwu ma werekwa ya na-enye nkuzi n'ụzọ pụrụ iche. Zarrella gakwara n'ihu kọwaa na ilu bụ ochie na ụzọ kara aka e si ezipụta ekpemekpe onwe, ọdịbendị na kwa ndọrọndọrọ ọchịchị n'ụzọ kacha mma.

Ilu bụ nke a maara dịka ***Proverb*** n'asụsụ bekee. Noah (2009: 92) depụtara n'edemede ya sị:

> Mkpụrụokwu ahụ bụ "Proverb" bụ nke si na "Proverbium" pụta, bụ mkpụrụokwu latin abụọ e kpokọrọ ọnụ, nke "Pro" n'ime ya na-akọwa "maka" ebe "verbium" na-akọwa "mkpụrụokwu". N'ihi ya, ilu bụ ihe e ji anọchi anya okwu gba ọtọ.

N'asụsụ bekee mgbeochie, mkpụrụokwu e jiri mara ***proverb*** bụ ***'proverb'*** N'asụsụ Igbo, mkpụrụokwu a bụ ilu maọbụ ilulu bụ aha ndị gboo wepụtara ma bụrụkwa nke anyị jiri mara okwu nka anyị kacha apụta ìhè ma bụrụkwa nke anyị kacha were na-achọ okwu mma, nke mere ka anyị sị na a na-atụ ya atụ; na a naghị ekwu ya ekwu. Mkpụrụokwu a bụ ilu maọbụ ilulu bụ mkpụrụokwu na-akọwa na ihe dị omimi, na o nwere ihe dị n'ime ihe. N'ezie, ilu bụ okwu dị n'ime asụsụ ma bụrụkwa nke ya na asụsụ na-ejikọ.

Isi Nke Asaa

MBIDO ILU

O nweghị ilu ọbụla puru epu n'ụwa, o nweghịkwa ilu ọbụla e si n'elu tụdata n'ala. Ilu ọbụla a na-atụ n'ebe ọbụla nwere otu e siri kwụba ya, mebe ya, hazie ya ma malite ya. Ilu nwere mkpụrụokwu dị iche iche e jiri kwụba ya ma nwekwa echiche dị n'ime ya e jiri hibe ya. O nwekwara ihe ilu ọbụla na-arụtụ aka ma nwekwuazị usoro ọ na-agbaso. O nweghị ilu na -atụ onwe ya. Ọ bụ mmadụ na-atụ ya. O nwekwara ihe onye mebere ilu bu n'obi mgbe o hibere ilu. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a na nkwenye dị otu a kpatara ilu ọbụla ji were nwee ihe ọ na-arụtụ aka na kwa ihe e ji maka ya were kwuo ya. Otu ilu dị ka ihe e ji maka ya were tụọ ya na-adị. Ọ bụkwa maka ihe ahụ e jiri tụọ ilu ka ilu na-ezipụta n'ihi na ọ bụ ihe e jiri tụnyere ihe ka ihe na-adị ka ya.

Ilu niile a na-atụ, ma ilu dị n'asụsụ Igbo, ya bụ ilu ndị Igbo, ma ilu dị n'asụsụ mba ụwa ndị ọzọ, nwechara ụzọ e siri nweta ha, chịkọba ha ma chekwaba ha ma were ha na-emebe okwu. Nwadike (2009: 13) kọwara n'akwụkwọ ya:

> Ilu Igbo dị ka o nwere nsipụta ụzọ anọ o siri malite:
>
> a. Nke a malitere mgbe ụwa gba ọtọ were si n'aka fere n'aka, ma bụrụkwa nke mere o jiri jupụta n'amamihe ndị nnanna anyị ha kwụzuru akwụzu (Obiefuna: 1978)
>
> b. Nhụchata okwu akọ kara aka ma bụrụ okwu ọkpọkịja, ndị isi dị mma ma ndị isi adịghị mma na-eme.
>
> ch. Mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Mgbanwe na-abata na mmekọrịta na kwa nnabata omenaala.

d. Aha otutu ndị Igbo.

Nwadike gakwara n'ihu were na-akọwa na 'ọ bụrụ na e leruo anya nke ọma na nsipụta izizi ahụ e depụtara n'elu, a ga-achọpụta na dịka otu e siri nwee n'akụkọifo, na ọtụtụ ilu anyị na-atụ anọteela nnukwu aka nke na e nweghịkwa ike ịkọwanwu ndị wepụtara ha maọbụ ndị mebere ha, ma bụrụzịa ihe mere ha ka ha bụrụzịa ihe ndị obodo nwe. Ilu ndị ahụ na-ezipụta ma na-egosipụta akọnauche ndịife ha. Imirikiti ilu bụkwa ndị nke e si na nleruanya na gburugburu na kwa ahụmihe nke ndụ were na-enweta.

O nweghị ilu na-eso ikuku were na-abịa. O nweghịkwa ilu na-emebe onwe ya. Ọtụtụ ilu bụkwa nke a chịkọbara ma wube site na ndụ ndị mmadụ na-ebi na kwa site na mmekọrịta mmadụ na ibe ya na ndụ. A na-esikwuazị n'akụkọ ndị mmadụ na-akọ, amaatụ dị iche iche na kwa mmemara dị iche iche jupụtara n'ụwa were na-enweta ilu. Ọ bụ ọnọdụ na nkwenye dị otu a kpatara Igbo (2012: 197) jiri kọwapụta sị:

> Imirikiti ilu bụ ndị gbadoro ụkwụ ma hido ukwu n'echere ọdịnaala, akụkọ ọdịnaala, akụkọ akọrọakọ, akụkọ ifo, agwa e si n'akụkọ ifo enweta, akụkọ ifo gbasara ụmụanụmanụ dgz. ma bụrụkwa ndị akụkọọdịnaala chekwabara.

Tupu ide ihe na ịgụ ihe n'akwụkwọ amalite n'ụwa, ndị ọbụla nọ n'ụwa a nwere asụsụ ha na-asụ ma nweekwa omenaala ha, ọdịnaala ha, akparamagwa ha, ekpemekpe ha, usoro mmekọrịta ha na mmadụ ibe ha, nghọta ha, usoro obibi ndụ ha, nghọta ha banyere ụwa, nkuzi ha na mmụta ha banyere ndụ na kwa eluụwa dgz. Ha nwekwuazịrị ụzọ ha si echekwaba ihe ndị a ma bụrụkwa ụzọ ha si enyefe ihe ndị dị otu a n'aka ndị na-esote ha ma bụrụkwa ndị na-etolite etolite. Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji atụ ilu

were na-ekwu na ọfọ bụ ọkpụkpụ nna tafọọrọ nwa, maka na ọ bụ ọdịnaala na-ebu eke. Ilu so n'otu ọkpụrụkpụ ihe e ji echekwaba ihe ndị ahụ niile e depụtara n'elu banyere ndụ na kwa ọdịnaala ndị mmadụ. Ọ bụkwa nkwenye dị otu a kpatara Granbom – Herranem (n.d) jiri kwupụta na ịchịkọba atụmatụ, nghọta na echiche ọnụ iji were mebe ilu bụ nke a naghị agbanwe agbanwe. Na ọnọdụ dị etu a mekwara ka ilu bụrụ ihe anaghị agbanwe agbanwe. Ọ kọwakwara na Kuusi (1994: 117-118) kwuru na ọ bụ otu ụzọ n'ime ụzọ ilu atọ e nwere bụ ndị nwere ike igbanwo n'ihe dịka otu narị afọ. Granbom-Herranem (n.d) mere ka a mata na ihe nke a na-akọwa bụ na ilu niile a na-atụ n'ọgbọ ọhụrụ a (21st Century) na kwa ilu ndị ahụ a tụrụ na mmalite ọgbọ gara aga (20th Century) ka bụkwa otu ihe, ma bụrụkwa otu ihe kpọmkwem n'ilu ndị a tụrụ n'afọ ndị dị n'agbata otu puku afọ, narị afọ asatọ na iri afọ ise gara aga (1850). Ọ kọwakwara na ọ bụrụgodu na ilu anaghị agbanwe agbanwe, na nghọta na-agbanwe. Ọ bụ ya kpatara o jiri kọwaa na nkwupụta ilu bụ nke e nwere ike isi n'ụzọ anọ were leba anya, ndị nke gụnyere:

a. Kedụ ihe ilu a na-atụ na-akọwa.
b. Kedụ ihe mkpụrụokwu e jiri mebe ilu na -akọwa.
ch. Kedụ ihe onye na-atụ ilu bu n'uche.
d. Kedụ otu onye na-anụ ilu ga-esi kọwaa ilu ọ nụrụ.

Ọ kọwakwara na nkọwa ilu bụ nke na-agbadokanarị ụkwụ na nghọta mkpụrụokwu e jiri tụọ ilu. Olugbamigbe (2003: 395) kọwakwara sị:

> N'ịkọwapụta n'ụzọ doro anya, na ilu bụ okwu ndị e si na nleruanya ala na kwa nkọwapụta nke ndụ na kwa mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'etiti agbata ebe ha nọ, were na-enweta.

Olugbamigbe gakwara n'ihu were kọwaa na ilu si na ndụ, amamihe mmekọrịta, nzikọrịtaozi na ọdịnaala ndị, were malite na ọ na-arụkwuazị nnukwu ọrụ n'etiti ndịife. Ilu na-enyere aka n'ụzọ pụrụ iche n'iji ọnụ were na-enyefe akụkọala, ndụ ndị na kwa ihe ndị a na-eme n'ọha.

Ilu bụ echiche miri emi ndị bu anyị ụzọ n'ụwa malitere maka nkuzi na mmụta dịịrị anyị, ma bụrụkwa nkuzi anyị jidesiri aka ike maka na nwata ghaa nna ya n'ije, ọ gaa ije ahụ ugboro naabọ. Ilu kwesikwara ka ọ bụrụ nke onye ọbụla ga na-aghọta. Ọ bụ ya kpatara Ọsụachalla (2002: 46) jiri dee sị:

> 'Ọ bụ naanị ndị nzuzu bụ ndị anaghị akọwanwu ilu. Ilu bụ ụzọ kacha ụzọ e si ejikọlata ihe a na-ekwu n'ọnụ'. N'ezie, ilu bụ atụmatụ agụmagụ dị ezigbo mkpa ma na-arụ nnukwu ọrụ n'asụsụ Igbo.

Isi Nke Asatọ

USORO NGHỌTA NA NKỌWA DỊ ICHE ICHE BANYERE ILU

Lakoff na Turner (1989) n'edemede ha, kwenyere ma na-ahụta ilu dịka abụ (poetry). Igbo (G2012: 197) na nkwenye nke ya banyere ilu ịdị ka abụ (poetry) kọwapụtakwara sị:

> Ọtụtụ ilu na-enwe ndakọrịta. "Enyi na mkpa bụ ya bụ ezigbo enyi" (A friend in need is a friend indeed) - *dịka o siri dee ya na bekee.*

Ọ bụghị naanị n'asụsụ bekee ka e nwere ilu ndakọrịta nke mere ilu (proverb) ka ọ dị ka abụ (poetry). Ọnọdụ dị otu ahụ dikwuazị n'asụsụ Igbo.

Emenanjo (1989: 2) kwenyekwara na ilu (proverb) dị ka abụ (poetry). Na nkọwa ya, o dere sị:

> N'iji nnụrụnuuche, nhụrụnuuche na mgbaama ekwu okwu, ilu dị ka abụ. Ụzọ ọzọ ilu siri yie abụ na etu okwu na ibe ya si akwụ na-enyekarị ndị mmadụ ike icheta ma ọ bụ iburu ya n'uche. Nkwukọrịta okwu na ibe ya nwere ike site na:
>
> a. Ụda ndakwasị
> b. Okwu nkwukwasị
> ch. Usoro nsokwasị

a. Ụda Ndakwasị - Lee ụda ndakwasị pụtara ihe n'ilu a:
Ekweghị ekwe na-ekwe n'ute ekwere.

b. Okwu Nkwukwasị - Lee okwu nkwukwasị, bụ mkpịiche, pụtara ihe n'ilu a:
Anụ adịghị, a naghị anụ ngịga anụ.

ch. Usoro Nsokwasị -Lee usoro nsokwasị dị n'ilu a:
Ji kaa, e rie ya
Ede kaa, e rie ya
Ọna kaa, e refuo ya.

Usoro nsokwasị dị n'ilu a zipụtara oyiri na ndịiche wepụtara isiokwu dị n'ilu a, ma nyekwa aka iji cheta ilu a mgbe ọbụla.

Ihe ndị a e depụtara bụ iji were kọwapụta nkwenye Emenanjo banyere ọnọdụ ilu dị ka abụ. Mana Okebalama (2003: 92) n'edemede nke ya mekwara ka a mata sị:

> Ugonna sịrị na ihe kacha daba na ntapi ilu na bekee bụ ***Similitude*** nke anyị nwere ike ịkpọ kemyiri n'ebe a. Ọ bụrụ na anyị kweta ihe Ugonna kwuru, anyị ga-ahụ na ilu gụnyere ihe ndị a:
> a. Ilu atụtụ (Proverb) nke nwere ngalaba abụọ
> i. Ilu akpụ okwu (epigramatic proverb)
> ii. Ilu nrụtụaka (allusive proverb)
> b. Asịniilu (wellerism)
> ch. Ilu kpọm (Aphorism)
> d. Ụkabụilu (Anecdote)
> e. Ilu ofufe na okwukwe (parable)
> f. Nkọnilu (Allegory)
> g. Akụkọ a rọrọ arọ (Fictional tales)
> gb. Nka okwu (Figurative language)

Ọ bụ otu a ka Okebalama siri kọwaa ilu na ihe ndị a maara dị ka ilu site n'echiche na nghọta Ugonna banyere ilu. Mba na Mba (2007: 200) kọwakwara na 'ilu dị ụzọ ọkpụrụkpụ abụọ. Ụzọ ọkpụrụkpụ abụọ ahụ gụnyere: Ilunkwe (Epigram) na asịniilu (wellerism)' Mana, Obiechina (1975) kọwara na ilu bụ mkpụrụ akị nke akọnauche ndị ọdịnaala jupụtara n'ime ya. Ekegbo na Ezeuko (2012: 193) kọwara ma dee sị:

> Nkọwa Obiechina ahụ banyere ilu gosiri na ilu gafere nkọwa ahụ Achebe kọwara ya dị ka mmanụ e ji eri okwu. Nkọwa ya gosipụtara na nkọwa banyere ilu karịrị mmanụ, nke mere ka ọ kọwapụta na ilu bụ mkpụrụ akị nke e si na ya enweta mmanụ. N'ịtụcha ya bụ okwu nke ọma, o kwesịrị ka a mata na mkpụrụ akị bụ ihe siri ike nke ọtụtụ ihe bara uru si n'ime ya apụta.

Ma ilu ọ bụ mmanụ ndị Igbo ji eri okwu maọbụ abụbọ e ji eri okwu, maọbụ mkpụrụ akị nke akọnauche ndị ọdịnaala jupụtara n'ime ya, nchịkọta nkọwa ilu bụ na ilu bụ ụdara na-ewepụta ụtọ okwu Igbo nke mkpụrụ jupụtara n'ime ya bụ okwu amamihe, akọnauche, nkuzi na nghọta miri emi.

Ihe ederede niile ahụ na-akọwa bụ na ọ bụghị naanị okwu ndị ahụ a na-ahụta dị ka ilu (proverb) bụ ilu, na o nwekwara ọtụtụ okwu nka dị iche iche bụkwuazị ilu. A bịa n'ime obodo dị iche iche, n'etiti ndị ime obodo, ndị ọdịnaala, ndị agụghị akwụkwọ dgz., ha na-ahụta atụmatụ okwu na atụmatụ agụmagụ dịka mbụrụ, mmemmadụ, egbeokwu, igbuduokwu, akpụokwu, nhagideokwu, akpaalaokwu, bịambịamgbochi dgz. dị ka ilu. N'ihi na okwu ndị a niile bụcha okwu nka e ji achọ asụsụ mma. Ọ bụ eziokwu na atụmatụ okwu nka niile ahụ nọcha n'otu ezinaụlọ, mana ha abụghị otu.

Mana Emenanjo (2008) na nkọwa ya na ghọta ya banyere Usoro Keatụtụ wepụtara ọnọdụ nghọta abụọ banyere nke a. Ihe ọ kpọrọ ọnọdụ abụọ ahụ bụ:

i. **Ọnọdụ Mbasa** (The Macro – Approach)
ii. **Ọnọdụ Nnọrọonwe** (The Micro Approach)

N'ọnọdụ Mbasa a ka Emenanjo kọwara na ilu karịrị ilu ahụ a kpọrọ ya. Na ilu gụnyere atụmatụ okwu nka niile e nwere n'asụsụ dịka asịniilu, ụkabụilu, akụkọifo, soromchịa, ahịrị okwuọnụ ma tinyekwara ahaonwe dgz. N'iji rụtụ aka na nke a nke ọma, Emenanjo (2008) gakwuru n'ihu dee sị:

> N'ịrụtụ aka kpọmkwem na nrụgosi na nkewasị ilu Igbo n'ime echere ọdịnaala, mmadụ nwere ike ịchọpụta usoro abụọ. Otu n'ime usoro abụọ ahụ bụ Ọnọdụ Mbasa, nke ọzọ bụrụ ọnọdụ Nnọrọonwe… A bịa n'ọnọdụ Mbasa, ndị kwenyesịrị ike na ya bụ Ugonna (1974; 1978) onye ọzọ kwa a ga-akpọtakwa aha na nkwenye a bụ Chukwuma (1977; 1986). Ndị a niile kwenyere n'ọnọdụ Mbasa a bụ ndị kwenyesịrị ike na Igbo ilu/ilulu na inu/inunu bụ nke jikọrọ ilu ma e kwube, na kwa ihe asụsụ bekee kpọrọ asịniilu, ụkabụilu, akụkọifo, ifo, nkọniilu, akụkọagwa ọma, omume ọma, iluatụ, okwuakọ, okwuahịrị, soromchịa ma tinyekwara ahaonwe. N'ezie, na nghọta ndị a, ihe ọbụla bụ okwuakọ nakwa nkọwa mbụrụ niile bụcha ilu (lu) maọbụ inu(nu).

Nke a bụ otu Emenanjo siri kọwapụta Ọnọdụ Mbasa (The Macro – Approach) Ọ gakwara n'ihu kọwaa atụtụ Ọnọdụ Nnọrọonwe (The Micro-Approach). N'edemede ya, Emenanjo (2008) kọwakwara sị:

> Ọnọdụ Nnọrọonwe, bụkwa nke dị iche n'ọnọdụ Mbasa, bụ nke nsụpụta ya na-enweghị mgbakwụnye ọbụla n'ihi na ilu/ilulu maọbụ inu/inunu bụ nke a na-ahụta dịka ilu naanị, okwu a na-ekwu n'ụzọ kwụụrụ onwe ya ma bụrụkwa nke na-adị nkenke, jupụta n'uche na ụtọ ma bụrụkwa nke zipụtara onwe ya n'eziokwu a kpịrị akpị were wepụta Finnegan (1970: 393). Ọtụtụ ndị chịkọbara ilu Igbo bụ ndị gbadoro ụkwụ na nkọwa nke Finnegan. Ndị a chịkọbara ilu ma kọwaa ya gụnyere Ogbalu (1961; 1970), Davids (1975), Nduaguhibe (n.d), Igwe (1985) Nwachukwu – Agbada (1990; 2002) dgz.

Emenanjo gakwara n'ihu kọwaa na ndị ọzọ kwa na-abụghị ndị Igbo na kwa ndị Igbo ndị ọzọ gbadoro ụkwụ na nchịkọba ilu, ntụgharị ilu na nkọwa ilu ha mere, gụnyere Basden (1938), Northcote (1913: 4), Nwoga (1975), Penfield (1983) Monye (1988; 1995) dgz.

Isi Nke Itoolu

ASỤSỤ IGBO NA ILU IGBO

Ndị Igbo bụ otu n'ime agbụrụ e nwere n'ụwa a. Ha nwere asụsụ ha. Asụsụ ha bụ asụsụ Igbo. Ọ bụkwa asụsụ Igbo ka e ji amata onye ọbụla bụ onye Igbo. Ọ bụ echiche dị otu a kpatara Ejiofo (2006: 5) jiri kọwapụta sị: 'Asụsụ bụ ụgbọala e ji ebu omenaala na ọdịbendị agbụrụ.' N'ezie, asụsụ Igbo bụ asụsụ nnanna anyị ha dobeere anyị. Ọ bụghị anyị malitere ya. Ọ malitere mgbe ndị Igbo malitere ma bụrụkwa nke e ji amata ndị Igbo n'ebe ndị ahụ ha bicha na kwa n'ebe niile ha nọcha. Okwudishu (2010: 2) na nkwenye nke ya, dere sị: 'Na mmalite, e nwere asụsụ. Asụsụ ahụ bụ asụsụ Igbo. Nnanna anyị ha bụkwa Ndịigbo' O kwesịrị ka anyị mata na ọ bụ asụsụ Igbo ka e ji amata ndị bụ ndị Igbo. Ọ bụkwa n'ime asụsụ Igbo ka àgwà, nghọta, ndụ, echiche, mmụta, omenaala, ọdịbendị, mmekọrịta ndị Igbo dgz, dịcha. Ọzọ kwa bụ na ọ bụkwa n'ime asụsụ Igbo ka atụmatụ okwu ndị Igbo jupụtara. Otu n'ime atụmatụ okwu ndị Igbo ma bụrụkwa atụmatụ agụmagụ bụ ILU IGBO. E nwekwara atụmatụ okwu ndị ọzọ dị ka akpaalaokwu, ukabụilu, mmemmadụ, mbụrụ, asịniilu (wellerism), egbeokwu, ụrọokwu, Igbuduokwu, dgz. N'ime okwu nka na atụmatụ okwu niile ahụ e nwere n'asụsụ Igbo, nke kacha apụta ìhè ma bụrụkwa nke kacha ada ụda bụ ILU. Ọ bụ echiche na nkwenye dị etu a kpatara ọtụtụ ndị Igbo ji ewere na okwu nka na atụmatụ okwu Igbo niile bụ ilu dị ka Ugonna (1974) siri kọwapụtakwa n'akwụkwọ ya.

N'ihi nke a, a ga-asị na asụsụ Igbo bụ Ilu Igbo. Ilu Igbo burụkwa asụsụ Igbo. N'ezie, okwu Igbo bụ okwu ilu Igbo mejupụtara. Ilu bụ okwu akọnuuche nke na-apụta ìhè n'ahịrịokwu. N'ihi ya, ọ bụ n'ime ahịrịokwu ka ilu na-adị. Ọ bụ ya kpatara e ji ahụta ahịrịokwu ọbụla jupụtara n'echiche miri emi dị ka ***Ahịrịilu***. Ahịrịokwu bụ echiche zuru oke ma nwee nghọta zukwara oke.

Mana, ahịrịilu bụ okwu akọnuuche zuru oke, nwere nghota ma mie emi na nkọwa ya. Ahịrịokwu na ahịrịilu na-adịcha n'otu akpàrà okwu mana usoro mwube ha na nghọta ha abụghị otu. Ahịrịokwu bụ usoro okwu onye ọbụla ga-ekwu maọbụ wube, mana ahịrịilu abụghị usoro okwu onye ọbụla na-ewepụta mgbe ọbụla na kwa oge ọbụla. Ahịrịilu bụ akpara okwu maọbụ usoro okwu na-esi n'ala ala echiche mmadụ were pụta nke nkọwa ya na nghọta ya dị ezigbo iche n'ihe e legidere anya maọbụ ihe a hụrụ were mebe okwu ahụ. N'ihi ya, okwu ọbụla a na-akpọ okwu ilu bụ okwu a na-ewube site n'ihe na-eme na gburugburu na kwa ihe ndị a na-ahụ na ndụ maka nkuzi, ọmụmụ na ndụmọdụ banyere ndụ na kwa echi.

N'ihi ya, onye na-ewube ilu n'asụsụ Igbo ma na-agbaso usoro ịtụ ilu n'asụsụ Igbo ga-abụrịrị onye anya ruru ala, ọ gaghị abụ onye anya ko n'elu. Maka na ọ bụ nka na echiche kwụzuru akwụzu ka e ji ewube ma na-ewepụta ilu n'asụsụ Igbo. Ọ bụ site n'usoro e si achịkọba, ahazi, ewepụta ma na-ewube ilu Igbo kpatara ilu Igbo ji bụrụ otu n'ime atụmatụ okwu na atụmatụ agụmagụ e nwere n'asụsụ Igbo. Atụmatụ agụmagụ ndị ọzọ ha na ilu Igbo kwụ n'otu ezinaụlọ bụ ụkabụilu maọbụ nkọniilu, agwụgwa, okwuntụhi na soromchịa. Atụmatụ agụmagụ niile a bụ n'asụsụ ka a na-ewube ha ma na-enweta ha. N'ime okwu nka na atụmatụ agụmagụ maọbụ atụmatụ okwu e nwere n'asụsụ Igbo, ọ bụ Ilu Igbo bụ nke kacha were na-apụta ìhè ma na-adakwa nnukwu ụda n'asụsụ Igbo. Maka na ọ dịka Ilu Igbo ọ kacha wee bụrụ okwu nka ndị Igbo ji achọ asụsụ ha mma. Ilu Igbo bụ okwu nghọta ya miri emi ma bụrụkwa nke ọ bụ naanị onye tozuru etozu n'asụsụ Igbo na-ewube ya ma na-eso usoro kwesịrị n'ịtụ ya n'asụsụ Igbo ma marakwa nghọta ya. A ga-asị na okwu Igbo ọbụla Ilu Igbo na-adịghị na ya, na-adị ka ofe gbara mmiri.

Ilu Igbo bụ atụmatụ agụmagụ ndị Igbo ejighị egwuri egwu. Okwu ọbụla ndị Igbo na-ekwu, ọ bụrụ na ilu adịghị ya, ụdịrị

okwu ahụ na-adị ka ofe gba ọtọ, nke azụ, nnu na mmanụ adighị n'ime ya. Okwu Igbo ọbụla a na-ekwu mana ilu Igbo adighị ya, na-adị ka onye yi akwa gba ọtọ. Ilu na-eme ka okwu Igbo sụrụ gedee ma kwụrụ chịm. Ọ bụ nkwenye dị otu a mere Nwadike (2009: 2) jiri kọwaa sị:

> Ihe e ji mara ndị Igbo bụ ilu ha na kwa otu ha ji were ya na-ekwu okwu. Dị ka otu onye siri chọpụta, "Onye Igbo a na-ebuli elu na ọ maara ekwu okwu gbadoro ụkwụ n'otu o si mara ilu Igbo ma na-atụkwa ya. Okwu maọbụ edemede ọbụla nke ilu maọbụ akpaalaokwu anaghị abata na ya bụ nke a maara dị ka 'okwu gba ọtọ' ya bụ okwu enweghị ihe e ji akọwa ya. Mana okwu ilu dị, bụ nke ga-eme ka onye na-ege ntị na-ekwe n'isi na ihe a na-ekwu na-adaba adaba nke ọma.

N'ezie, Nwadike kọwara nke ọma n'ebe a uru ilu bara, otu ndị Igbo si were ilu na kwa ka ndị Igbo si anabata ma ilu ma onye na-atụ ilu. N'ala Igbo, onye ọbụla maara ilu nke ọma, marakwa nghọta ya, bụ onye ndị Igbo ji eme ọnụ ma werekwa na-eje mba. Ọ bụ onye na-eme ka okwu tara akpụ dị nro. Ngoesi (1993: 155) na nkọwa nke ya banyere nka okwu ndị Igbo mere ka anyị mata:

> Mgbe onye Igbo maara okwu na-ekwu ma ọ bụ na-ede ihe, ọ na-etinye okwu ndị na-eme ka ihe ọ na-ekwu ma ọ bụ na-ede kwụrụ gaa ma tọkwaa ụtọ nke ga-eme ka onye ọbụla gere ihe o kwuru ma ọ bụ onye ọbụla gụrụ ihe ọ dere nwee mmasị. Okwu ndị ahụ nwere ike bụrụ ilu, akpaalaokwu,

> atụmatụ okwu na okwu nka ndị ọzọ dị ka soromchịa, dgz.

Onye maara maka ilu anaghị azọhie ọkpa n'okwu. Ọ naghịkwa asọ okwu anya maka na ọ maara na okwu ọbụla a ga-ekwu nwere ụzọ a ga-esi kwuo ya na kwa ilu a ga-eji kwuo ya, kọwaa ya ma hazie ya. Ndị Igbo wepụtara ilu maka ime ka okwu na-agazi nke ọma ma na-adazi adazi n'ụzọ kacha mma. Ihe ọbụla na-eme n'ụwa maọbụ merela n'ụwa a dịka ndụ, ọnwụ, ọrịa, ohi, anyammiri, ọgụ, ịlụ nwaanyị, echichi, anụmanụ, agamniihu, ime enyi, ịgba alụkwaghị m, idina nwaanyị, emume, mmemme, echichi, okokporo, agbọghọbịa, agadi nwanyị, ọhịa, ụzọ, mmadụ, ịchụ nta, dgz, bụcha nke ndị Igbo jiri tụọ ilu. Ọ bụ nkwenye na nghọta dị otu a kpatara Achebe (2012: 12) jiri dee sị:

> Okwu amamihe ndị Igbo na ilu Igbo baara m nnukwu uru ma nyere m aka n'ụzọ pụrụ iche n'ighọta dịka mmadụ na ụwa a dị ogbu ma jupụta n'ogwu, karịa nkwenye na nkuzi nke okwukwe ndị ụka kụziere m.

Ọ bụkwa ihe magburu onwe ya ma ọ bụrụ na a chọpụta otu ndị Igbo si were ihe ndị ahụ niile e depụtara were mebe ilu ma nwetakwa ilu niile ndị ahụ anyị nwere ma na-atụkwa n'ala Igbo. Ebeogu (2012: 30) na nkọwa nke ya gbasara ilu mere ka anyị ghọta:

> Ụdị okwu ọnụ ụtọ nke agụmagụ ọnụ Igbo bụ nke e ji ekwupụta okwu ma werekwa na-akpa nkata iji were nweta kpọmkwem ihe a chọrọ. Ha gụnyere ilu, ụkabụilu, gwa m gwa m gwa m, akpalaokwu, nkuhie (sic), na kwa atụmatụ okwu ndị ọzọ ga.

Onye maara atụ ilu na-abụ onye a na-anabata ma o kulie ikwu okwu. Ọ bụrụ na onye dị otu ahụ kwuchaa okwu, ọha mmadụ na-ejikọkwa aka ọnụ nabata okwu ya ma werekwa okwu ya mee ihe. Ọ bụ eziokwu na anyị na-atụ ilu ma werekwa ya na-ahazi okwu n'asụsụ Igbo mana o kwesịrị ka anyị mata okwu bụ okwu ilu, otu e si atụ ilu, nghọta dị n'ilu, ndịiche dị n'ilu na atụmatụ okwu na atụmatụ agụmagụ ndị ọzọ, otu e si akọwa ilu na kwa ka e si enweta ilu. Ọ bụ n'elu echiche nchọpụta na nnyocha dị otu a ka edemede a gbadoro ụkwụ.

Ilu niile anyị na-atụ, obodo nwere, Mba na-ezipụta, nwechara ọdịdị ha na kwa ụdịrị ilu ha bụcha. O nwere ihe e jiri maka ya were tụọ ilu ọbụla n'agbanyeghị onye tụrụ ya, obodo a tụrụ ya maọbụ Mba o siri bịa. Ọ bụkwa maka ihe ahụ e jiri maka ya were tụọ ya ka ọ na-akọwa. Ihe niile anyị na-eme n'ụwa a, ndụ niile anyị na-ebi, mbọ niile anyị na-agba, nghọta anyị niile, mmekọrịta anyị niile, ọrụ niile anyị na-arụ, okwu niile anyị na-ekwu dgz, nwere ụdịrị ilu e ji akọwa ha. Ọ bụ nkwenye dị otu a mere Olugbamigbe (2003: 395) jiri kọwaa sị:

> A sị ka e kwuo, ilu bụ okwu ndị e si n'ihe a chọpụtara na ihe a hụrụ banyere ndụ na kwa mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'etiti onwe ha na kwa na gburugburu ha. Otu e si eji ilu asụ asụsụ na-ewebata ọtụtụ mmezigharị na kwa mbugharị n'usoro na otu e si atụ ilu. Ilu na-egosipụta mgbanwe dị iche iche n'asụsụ e ji ya asụ… Dịka e siri chọpụta na ọ bụ akụkọ banyere otu ndụ ndị siri dị ka ilu siri malite, ilu na-arụkwuazị ọtụtụ ọrụ n'etiti ndị nwe ya.

Ọ bụ site n'ihe ndị a ilu na-akọwa maka ha kpatara e jiri nwee ọdịdị ilu na kwa ilu dị iche iche. Ọdịdị ilu dị iche iche a na-ekwu maka ha bụ ilu ndị a tụrụ maka ụdịrị ndụ dị iche iche anyị na-ebi,

akparamagwa anyị ga, ọnàrà (experience), usoro ndụ anyị ga, echiche anyị ga, mmekọrịta anyị na mmadụ ibe anyị dgz. Ashipu (2007: 605) n'aka nke ya kọwakwara ilu sị:

> Ilu dị ka ọkpụrụkpụ ụzọ e si echekwaba nzikọrịtaozi, bụ ụzọ kacha were pụta ìhè n'usoro mmekọrịta n'etiti anyị. Ọ bụghị naanị onye maara maka mkpụrụokwu e jiri tụọ ilu na-aghọta ilu kama ọ bụ onye ghọtara ihe e bu n'uche were tụọ ilu. Nke a danyekwara n'ọgbọ e si ewere ụzọ aghụghọ wee na-akọwapụta ihe e bu n'uche, bụkwa otu n'ime ụzọ ruru ala e ji edozi okwu ma gbochie nsogbu.

Ilu ọbụla n'asụsụ Igbo nwere akụkụ usoro ndụ ndị Igbo ọ na-akọwa ma na-arụtụkwa aka. Ilu niile e nwere ma na-atụkwa n'asụsụ Igbo nwere ọdịdị ha. Nke ọbụla n'ime ha nwere ụdịrị ndụ ọ na-egosipụta. Ma ndụ ọma, ma ndụ ọjọọ, nke ọbụla nwere ilu e jiri akọwa ya ma na-ezipụta ya. N'ihi nke a, a ga-edepụta isiokwu, deekwa ilu ndị e ji maka ha were na-atụ ma nyekwa nkọwa ilu ndị ahụ. Ụfọdụ n'ime isiokwu ndị ahụ ilu gbasara ha na nkọwa ha bụ ndị a na-esota:

EZIGBO NDỤ

Ndị Igbo nwere ọtụtụ ilu ha ji akọwa maka mmadụ ibi ezigbo ndụ:

a. **Ire ọma ka ejula ji aga n'ogwu.**
Ilu a na-akọwa na onye were omume ọma na ezigbo àgwà, ọ gafee nsogbu na ajọ ndụ jupụtara n'ụwa.

b. **Nwanne na nwanne na-eri nri, a naghị asị ka eweta ọkụ.**
Ezigbo mmekọrịta, nnọkọrịta na ịhụnanya na-eweta ịdịnaotu na ezigbo udo nke iro na asị adighị na ha.

ch. **A naghị akọrọ anya akọrọ na ya na imi bụ nwanne.**
Ọ na-abụ ihe siri ike inweta nkewa n'ebe e nwere ezigbo mmekọrịta.

d. **Nwoke mata obi nwunye ya, o nye ya igodo obi ya.**
O kwesịghị ka mmadụ na-enyo ibe ya enyo. O kwesịrị ka mmadụ na-atụkwasa mmadụ ibe ya obi. Ndụ ọbụla aghụghọ dị na ya na-aghọ ahịa. N'ihi ya, ndị ọbụla ghọtara onwe ha ma na-agwa onwe ha eziokwu na-ebi n'udo ma bụrụkwa ndị na-ebi ezigbo ndụ.

e. **Ihe e ji apụ egwu ọnwa bụ ka a hụkọrịta n'ihì nà o nweghị onye ọnwa anaghị eti na be ya.**
Ọ bụ ihe magburu onwe ya na mma ka mmadụ na ibe ya na-emekọrịta ma na-ahụkwa onwe ha n'anya n'ihi na mmadụ ịnọ naanị ya abụghị ezigbo ihe.

f. **Onye ọbụla riri nwanne ya were lakpuo ụra abalị, bu ọnụ.**
Mmadụ ekwesịghị iche echiche ọjọọ chegide nwnane ya maọbụ mee ihe ọjọọ megide nwanne ya maka na ọ dịghị ihe dịka nwanne.

INYERE MMADỤ AKA

N'ezie, ndị Igbo sịrị na ụwa naanị otu onye bi ka mma n'afọ. N'ihi ya, o kwesịrị ka mmadụ na ibe ya na-emekọrịta. Ọ bụkwa site na mmekọrịta ka e si enweta enyemaka. Ilu ụfọdụ maka inyere mmadụ aka bụ ndị a:

a. **Onye ji akwụ nye nchi ka ọ taa n'ihi na nchi anaghị arị elu.**
Ihe ilu a na-akọwa bụ na onye jide ihe, ya nye onye na-enweghị, n'ihi na onye ahụ akpatanwughị ka o siri kpata.

b. **Onye ọbụla hurụ onye ogbi kelee ya n'ihi na ọ bụrụ na elu anụghị ya, ala ga-anụ ya.**
Ihe ilu a na-akọwa bụ na ihe ọma ọbụla mmadụ na-emere mmadụ maọbụ enyemaaka ọbụla mmadụ na-enyere mmadụ bụ maka Chineke Nna bi n'eluigwe. Na ọ bụkwa Chukwu ga-akwụ onye ahụ ụgwọ.

ch. **E mee nwata ka e mere ibe ya, obi adị ya mma.**
Kama ị ga-emegbu mmadụ, mezie onye ahụ ma nyere ya aka. Ọ bụrụ na ị mee ihe dị otu a, onye ahụ ga-enwe nnukwu ọńụ na obiụtọ.

d. **Aka nri kwọọ aka ekpe, aka ekpe akwọọ aka nri.**
Ọ bụ otu onye siri nyere mmadụ ibe ya aka ka a ga-esikwa were nyere ya aka. Ọ bụ ka onye siri mee ihe ọma ka ihe ọma si abịara onye ahụ.

e. **Ọkọ kọọ mmadụ, mmadụ ibe ya akọọ ya, mana ọkọ kọwa anụọhịà, ọ kọọ ya n'osisi.**
N'ezie, ọ bụ mmadụ ka e ji aka. Ihe ọbụla mere mmadụ maọbụ dakwasa mmadụ, ọ bụ mmadụ ibe ya ka ọ ga-agbakwuru ka o nyere ya aka.

f. **Ọkụkọ anaghị echefu onye foro ya ọdụ n'udummiri.**
Mmadụ anaghị echefu onye nyeere ya aka mgbe ọ nọ na mkpa, onye tọpụtara ya n'agbụ mgbe ụdọ ji ya na kwa onye zọpụtara ya mgbe ọ nọ na nsogbu.

AJỌ CHI

Ajọ chi bụ ihe ịdakwasa mmadụ n'ụzọ na-adighị mma. Ụdịrị ọnọdụ a na-eme ka mmadụ na-enwe ọgbatauhie na ndụ ya. Ilu ụfọdụ maka nke a bụ ndị a:

a. **Ike nyụọ ahụrụ, a bụọ isi ọkpọ.**
Onye mee ihe ọjọọ, a hapụ onye ahụ mere ihe ọjọo ahụ ga tawa onye o nweghị ihe ọbụla o mere, onye aka ya dị ocha, ahụhụ.

b. **Ụbọchị m na-achụ nta ka mgbada na-arị elu.**
Ilu a na-akọwa maka ihe isiri mmadụ ike n'ụzọ na-ekwesighị. Ọ na-akọwakwa maka ụzọ mmadụ ịkpọchi, nke ga-eme ka mbọ niile onye ahụ na-agba bụrụ nke na-ala n'iyi.

ch. **Nkịta richaa nsị, eze eree ewu.**
Onye rụchaa ala ma puo eze elu, onye ọzọ na-enweghị nke ọ ma, atawa ahụhụ ihe o maghị maka ya.

d. **Ọkụkọ ahụla m were puo eze elu.**
Ihe ilu nke a na-akọwa maka nsogbu amaghị ebe o siri bịa, ịdakwasa mmadụ. N'ezie, ọ dị njọ ihe mmadụ amaghị maka ya ịbịakwute onye ahụ.

e. **Ọkụkọ hapụrụ mma gburu ya wee tụgọwara ite olu.**
Ilu okwu a na-akọwa bụ mmadụ ịhapụ onye mere ya ihe were sowe onye o nweghị ihe o mere ya na ọ bụ ya na-egbu ya.

f. **Ọ bụ onye ajọ chi ka mmiri na-afanye n'eze.**
N'ezie, onye chi ọjọọ anaghị alafere n'ebe ọbụla maọbụ n'ihe ọbụla ibe ya lafeere na ya. O mee ihe ọbụla ibe ya mere were gafere, ọ tọkịrị ma tawa ahụhụ dị na ya.

IHE ỌMA

Ihe ọma bụ ihe ndị gbasara usoro ndụ ọma na kwa ụzọ dị mma na ndụ. Ihe ọma na-edozi ma na-ewetakwa ụkpụrụ ọma. Ilu ụfọdụ banyere IHE ỌMA bụ ndị a na-esota:

a. **Ofe dị mma, ụtara dị mma, akpịrị ekwewe 'unu anwụla'**
Ihe niile dịzie otu o kwesịrị ka ọ dị, ndụ abụrụ sọ ụtọ. Mana o nwee otu ihe ọbụla a na-eme siri rie mperi, ndụ anaghị adabacha ka e siri chọọ.

b. **E doziere nwaanyị ebe ọ na-aghụ ahụ, ịkwọ mmiri ya abụrụ vọm vọm vọm.**
O nweghị onye ihe ọma anaghị adị mma. O nweghịkwanụ onye a ga-etinye nnu n'ọnụ ya, ọ bụpụ ya. N'ihi ya, onye ọbụla hurụ ihe ọma na-anabata ya nke ọma.

ch. **Ebe nwatakịrị na-apụ ọrịrị bụ ebe ọ na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ.**
E jighị ịta ahụhụ anya isi. O nweghị onye na-achọ ka o nwee ihe ga-ejikọ ya na ahụhụ. Onye ọbụla maara ihe na-achọ ebe uru na ezigbo ndụ, dị.

d. **Ụgbọgịrị mịara m mịakwara nwunye di m.**
Ilu a na-akọwa na ihe ọma ọbụla meere m mekwaara onye ọzọ. Maka ihe ọma zuo oke ma ruo onye ọbụla aka, udo, ịdịnaotu, ọńụ, obiụtọ na mmekọrịta zuru oke ewere ọnọdụ.

e. **Mgbada dara ibi daara dinta.**
Otu ọbụla uru dị n'ihe mmadụ na-achọ ahala, ọ dịịrị onye ahụ na-achọ ya ma bụrụkwa nke onye ahụ, ma ọ chọta maọbụ ruo onye ahụ, aka.

f. **Onye tụliri nwannụnụ elu egosila ya ụzọ nne ya si.**
O kwesịrị ka mmadụ na-egosi mmadụ ibe ya ụzọ kacha mma ọ ga-eso n'ụwa. Maka na ihe ọma mmadụ meere ibe ya alaghị n'iyi.

ỌGARANYA

Ọgaranya bụ onye nwere akụ na ụba n'ụzọ dị ukwu ma bụrụkwa onye na-eriju afọ. N'ihi ya, ọgaranya n'ala Igbo bụ onye nọ n'ikpo ihe akụ akụ na ihe enwe enwe. Ụfọdụ ilu ndị a bụ maka ọgaranya.

a. **Ezie m ozi zie ọgaranya, aga m ezi ya mana enye m ajụ je bute ọgaranya, aga m ajụ**.
O kwesịrị ka mmadụ mara ihe ọ ga-emenwu ma mee ya, ma hapụ ime ihe ọ gaghị emenwu.

b. **Oji ngaji eri ihe chetakwa ndị ji aka eri.**
N'ala Igbo, n'oge gboo, onye ọbụla ji ngaji (spoon) eri ihe bụ ọgaranya n'ihi na ọ bụghị mmadụ niile na-azụtanwu ngaji (spoon). N'ihi ya, onye ọbụla ji ngaji (spoon) eri ihe n'oge gboo bụ onye a na-ahụta dị ka onye ụwa zuoro ma bụrụkwa onye ụwa saara aka. Ihe ilu a na-akọwa bụ na onye ọbụla nọzitere n'ụwa ma bụrụkwa onye ihe na-agara nke ọma kwesịrị inyere ndị ọ ka mma, aka.

ch. **Gidi gidi bụ ugwu eze.**
Ilu a na-akọwa na be ọgaranya na-ahịọtụ ahịọtụ ma na-azụ azụ mgbe ọbụla. Mmadụ na-ejupụta na be ya oge niile, ma ndị ha na ya bi, ma ndị na-achọta ya. Maka na ọ bụ otu onye hà ka isi ya na-aha.

d. **Onye rijuru afọ ji ụkwụ esokwara ibe ya ọkụ.**
Ihe ilu a na-akọwa bụ na onye ọbụla ụwa zuoro maọbụ gaziere nke ọma achọghịzị ịma maka mmadụ ibe ya nọ n'ụnwụ maọbụ ndị ụwa na-atụ n'ọnụ. N'ihi ya, ọtụtụ ndị ọgaranya amaghị na ndị ogbenye nọ. Mgbe ụfọdụ kwanụ, ụfọdụ ndị ọgaranya anaghị achọ ka ụmụogbenye ńụọ mmiri ma tọgbọ iko.

e. **Onye zụrụ egbe ọhụrụ na-eji ya aga mgbaru a kpọghị ya.**

N'oge gboo n'ala Igbo, mmadụ inwe egbè bụ igosipụta ọgaranya. Ogbenye anaghị azụtanwu egbe n'oge ahụ. Ọ bụkwa ndị ọgaranya na-eji egbe aga mgbaru n'ebe a na-akwa ozu. Ihe ilu a na-akọwa bụ na mmadụ imepụta ihe na ndụ ya bụ nke na-enye oke ọńụ ma bụrụkwa nke e ji ama aka.

f. **Onye nna ya na-ebu isi anụ anaghị ebu agba anụ.**

O kwesighị ka onye na-eri n'ọkụ riwe n'àlà. Ebe ọbụla ọgaranya dị ekwesighị ka ụbịam bata n'ebe ahụ maka na nwaagụ anaghị ata ahịhịa, ihe ọ na-ata bụ anụ. Onye ndị be ha na-eriju afọ ekwesighị ibu ọnụ. N'ihi ya, nwa ọgaranya bụkwa ọgaranya.

g. **Rìbe ebulu n'ihi na nna gị na-akpa atụrụ.**

N'ala Igbo, mgbe elu bụ ala ọsa, e ji ịkpa enunu were na-ama ọgaranya. Onye nwere enunu n'ụdị dị iche iche bụ nnukwu ọgaranya. Ịkpa enunu bụ ịzụ anụ ụlọ dị ka ọkụkọ, ewu, atụrụ, ebulu, mkpi, ehi, dgz. Ebulu (ram) bụ oke atụrụ. Ọ bụkwa onye nwere nne atụrụ (sheep) ga-amụtara ya ebulu, ga-egbu ebulu o nwere, rie maka na o nwere olileanya na nne atụrụ (sheep) o nwere ga-amụtara ya ebulu ọzọ. N'ihi ya, ihe ilu a na-akọwa bụ na ọ bụ onye nna ya kpaara akụ na-eri akụ n'eleghị anya n'azụ. Ụdịrị onye ahụ na-aga ije, ọ na-azọwa ala n'ihi na o nwere ihe kara ya obi.

OGBENYE

Ogbenye bụ onye anaghị akpatanwu ihe ọ na-eri, onye ụwa siere ike, onye ahụghị tụtụrụ rachaa. O nwekwara ụdịrị ilu ndị Igbo na-atụ iji were kọwaa ọnọdụ dị otu a. Mgbe ọbụla a nụrụ ilu ndị

ahụ, a marala na ọ bụ maka ogbenye ka a na-ekwu maka ya. Ụfọdụ n'ime ụdịrị ilu ndị ahụ bụ ndị a:

a. **Agụụ kpatara ede ji atọ ka ji.**
Ihe ilu a na-akọwa bụ na ọ bụrụ na ihe mmadụ kwesịrị inwe kọọ ya, onye ahụ ebinyewe aka n'ihe na-ekwesịghị, mewe ihe o kwesịghị na ọ ga-eme. N'ezie, e jighị anya ọma aga n'ụlọ ekpere. Maka na ihe adịghịrị útù(penis) mma o ji were kpọdo isi n'ala.

b. **Ọkụkọ kwaa akwa, uche echewe onye ji ụgwọ.**
Ogbenye na-anọ n'ihe ụkọ mgbe niile n'ihi ihe isi ike. Mgbe ọbụla e kwutere okwu ego, ime ihe ọbụla gbasara ego, iwepụta akụ, obi na-amapụ ya. Ọ naghị anọkwatanwu ma ọnọdụ dị otu a dapụta maka na ọ bụghị onye ahụghị nke o riri, ọ hụ nke ọ na-enye mmadụ.

ch. **A hụghị ka e mere, e mee ka a hụrụ.**
Onye ihe na-esiri ike na-enwe nchekwube na ọ ga-enweriri ụzọ ọ ga-esi were na-emeri ọnọdụ ụkọ ihe gbara ya okirikiri. Ebe nkwenye ya niile hidoro isi bụ na ọ bụ onye nwụrụ anwụ ka nke ya ka njọ. Na onye nọ ndụ ga-ahụrịrị ihe o mere onwe ya iji were merie ụwa.

d. **Onye ji ọkụkọ lie nna ya mere otu ike ya ha.**
Ndị Igbo kwenyesịrị ike na aka niile ahaghị ịha. Na mmadụ niile ahaghị. Na e nwere ọgaranya, nwee ogbenye. Na onye ọbụla ga-eme ihe otu aka ya ha. Na ọ bụ otu aka nwogbenye hadobere ka ọ na-emedebe ihe. N'ihi ya, ọ bụ otu aka nwaanyị ha ka ọ na-atụkwasa di ya. Maka na onye ọbụla mere ihe karịrị ike ya bụ ọnwụ ya ka ọ chọrọ. N'ihi ya, onye ihe siere ike anaghị emenwu ihe maọbụ meruo ihe otu e siri tụọ anya maka na ọ bụ ihe dịrị ọkụkọ mma, ọ tụchaba onwe ya.

e. **Agụụ kpatara a jụkata a nara.**
Onye ihe na-esiri ike anaghịzị enwe ikike onwe ya. Ọnọdụ ọbụla ọ hụrụ onwe ya, o were. Ọ naghịzi ama na nke a kwesịrị ime maọbụ na nke a ekwesighị ka e mee ya. Ike onwe ya na-agwụ ya mgbe niile n'ihi na ọ bụ onye jide ibe ji n'aka, o were nwee ike sawa ụganị okwu. Mana, onye o nweghị otu ọ ha ya, na-ekweta ihe o kwesịrị ka ọ jụ. Nke a wee bụrụ ndụ nwogbenye.

f. **Aka mkpụmkpụ ekweghị mbe jide ewu.**
Onye ihe na-esiri ike na-eji anya ekiri ụwa n'ihi na ụwa gbalahụrụ ya n'ọsọ. N'ihi na o nweghị ihe ọbụla o nwere, ọ naghị eso ibe ya emesagharị ahụ otu kwesịrịnụ. Ihe ọma dị n'ụwa anaghị eru ya aka n'ihi na o nweghị ihe e ji eweta ha. Maka na ọ bụ ọ dịrị nwologbo mma, ọ ńụba tii.

g. **Ọ bụrụ na a kaa utu, onye ụgwọ akaa ọkpọ.**
N'ezie, onye ụwa na-esiri ike na-anọ na mwute mgbe niile. Ọ na-anọ n'ihe mgbu mgbe ọbụla ma na-ahụtakwa onwe ya dị ka onye ụwa na-emegbu emegbu ma na-emegidekwa. Mgbe niile, obi anaghị adị ya mma. Ihe ọbụla e meere ya anaghịkwa adajụ ya obi. Naanị ihe na-adị ya n'obi oge ọbụla bụ ọgụ ọgụ, mgba mgba, esemokwu, esemokwu, ọgbaaghara, ọgbaaghara. O nweghị ihe ọbụla e mere ka e meta ya mma n'ihi na ọ na-ahụta onye ọbụla ka ndị so ụwa were na-akpagbu ya. Obere ihe ọbụla merenụ, ọ tụo ọgụ ma dị nkwadobe maka ise okwu. Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji ekwu okwu were na-asị na ọ bụ e jighị akụ na-ebute ntụkwụba ọnụ.

g. **Agụụ a, ọrịa bịa, ọnwụ adịzịa onye ụbịam ka okpu eze.**
Onye ọbụla enweghị ihe ọbụla bụ onye gba aka ma bụrụkwa onye gba ọtọ. Ma na be ya ma n'ụlọ ya, o

nweghị ihe ọbụla ọ tọgbọrọ. N'ihi ya, nsogbu ọbụla dakwasara ya bụ nke nwere ike imemila ya maọbụ dulaa ya mmụọ n'ihi na ọ bụ onye nwere ihe e ji egbochi nsogbu maọbụ dulaa nsogbu, na-emeri nsogbu ụwa. Mana, onye ọbụla enweghị ihe ọbụla na ndụ ya na-ekoropụ ma ọnwụnwa bịa maọbụ nsogbu dakwasa ya. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpatara ndị Igbo ji ekwu okwu were na-asị na ọ bụ akụ na-esi obi ike.

gb. **Ebe aka ruru onye akakpọ ka ọ na-ekowe akpa ya.**
Ọ bụ otu onye ha, ka ihe ya na-aha. Ọ bụ ihe onye nwere ka ọ na-enye. Ọ bụkwa otu onye si akpata ka o si ewepụta. Onye enweghị ihe na-egosipụta na o nweghị ihe site n'àgwà ya na kwa omume ya. A naghịkwa egbu ya maka na o nweghị ihe maka na a maara na o nweghị. N'ihi ya, ọ bụ àkpà mmadụ na-akọwa ndụ onye ga-ebi maọbụ na-ebi. Ọ bụ echiche dị otu a kpatara ndị Igbo ji were na-ekwu okwu were na-asị na ego anaghị ezo ezo maka na a hụ dimkpa a hụ ogologo imi ya. Onye ọbụla ụbịam kụọrọ aka n'ụzọ akpọghekwala ụzọ, maka na o meghee ụzọ, ụbịam bakwute ya n'imeụlọ ya, Ọnwụ!

EZI AGWA

Ezi agwa bụ usoro obibi ndụ na omume dabara adaba nke mmadụ na-emeso mmadụ ibe ya na kwa okirikiri ya. Ọ bụ ndụ dị mma nke onye ọbụla nabatara ma bụrụkwa omume kwesịrị ekwesị n'ihu nke Chineke. Ezi agwa gụnyere ịkwụba aka ọtọ, ikwu eziokwu, ịtụta ezigbo aro, ikwu okwu ọma, mmekọrịta dị mma, ịgbaziri mmadụ ezigbo ọnụ, ịduzi mmadụ ụzọ dgz. Onye ọbụla na- eme ihe dị ka Chukwu siri chọọ ma bụrụkwa nke mmadụ ibe ya nabatara na-akpa ezi agwa. Ilu ụfọdụ banyere nke a bụ:

a. Enyi m agwara m gị agwa bụ ezigbo enyi mana enyi m agaara m agwa gị bụ ajọ enyi.

Mmadụ kwesịrị ime omume n'ụzọ ga na-enyere mmadụ ibe ya aka, ma bụrụkwa omume ga na-eweta agamniihu, ma gbochie ọdachi ọbụla n'ụzọ ọbụla. Ụdịrị omume dị otu a bụ ezigbo omume. Mana onye ọbụla na-agbachi onye nke ya nkịtị ma hapụ ya ka ọ dalaa n'olulu ka o were chịwa ya ọchị bụ ajọ mmadụ. Omume dị otu ahụ bụkwa ajọ omume. Ọ bụghị ezi agwa chaachaa. N'ihi ya, o kwesịrị ka anyị na-ebi ezigbo ndụ site n'ịkpa ezi agwa.

b. Ọ bụ n'ukwu osisi nwere aha ka ọyị na-edudebe ọyị ya.

N'ezie, o kwesịrị ka ihe ọbụla mmadụ na-eme bụ ezigbo ihe bụrụ nke onye ahụ ga-eme nke ọma ma meruo ya n'isi. Ọ naghị adị mma mmadụ mekata ihe dị mma, o medebe ya n'ụzọ. Ọ bụ ihe ziri ezi ka mmadụ na-emezi ihe emezi ma mee ka ihe ahụ ọ na-eme bụrụ nke ga-anata otito na kwa ekele dị mma.

ch. Kama m ga-eriju afọ dachie ụzọ, kama ka m buru ọnụ.

Nkọwa ilu a bụ na kama mmadụ ga-eme ihe ga-aghọ ya ahịa, ihe ga-arapụta ya ma chịlie ya ọkpa elu, kama ọ hapụ ime ihe ahụ. O kwesịrị ka onye ọbụla chọrọ ime ihe maọbụ onye ọbụla na-eme ihe leruo anya ala nke ọma ka ọ mata maka ihe ahụ ọ chọrọ ime maọbụ ihe ahụ ọ na-eme ma ọ bụ nke ga-ewetara ya ezi ihe ka ọ bụ nke ga-ewetara ya nsọpụrụ na ọdachi ụwa. N'ihi ya, ihe ọbụla mmadụ chọrọ ime maọbụ na-eme, na-adighị mma, o kwesịrị ka onye ahụ kwụsị ya ka onye ahụ were ndụ ya mere ihe.

d. Oji nwayọọ aga anaghị emerụ ahụ.

Ụwa anyị nọ na ya kwesịrị ka a kpachapụrụ ya anya. O kwesịkwara ka a na-eso ụwa ka ụwa siri dị na kwa ka ụwa siri chọọ. Maka na onye ọbụla soro ụwa n'ike, ụwa ememilaa ya ma dulaa ya. N'ihi ya, o kwesịrị ka mmadụ Chukwu kere eke na-eme ihe n'usoro kwesịrị ekwesị ma bụrụkwa usoro ndụ. Onye ọbụla na-eme ihe n'usoro ekwesighị ekwesị na-eso usoro ọnwụ ma bụrụkwa onye ụwa ga-agba igbe.

e. Ụzọ dị mma, a gaa ya ugboro abụọ.

N'ezie, ọ bụ ihe dị mma kà a na-akọta akọta ma na-eńomikwa eńọmi. A naghị akpọta ihe ọjọọ aha. Ihe ọbụla dị njọ bụ nke onye ọbụla na-agbara ọsọ ma na-agụpụ onwe ya na ya. Ọ bụ ụlọ nabatara mmadụ ka mmadụ na-abanye. Mana ụlọ ọbụla na-anabataghị mmadụ, a na-agbanyere ya ngịrị. Ọ bụ ihe kwesịrị ekwesị ka anyị mata na ihe ọma na-eweta ihe ọma. Mana, ihe ọjọọ na-eweta mkpọrọtọọnụ, nkọtọ na akpọmasị.

f. Nwaanyị mara obi di ya ọ dị ka ọ gwọọrọ ya ọgwụ.

Ezigbo àgwà na-eweta ndụ dara ahụ jii, ịhụnanya dị elu ma kwụrụ chịm na kwa mmekọrịta zuru oke. N'ezie, ọ bụ otu onye siri nabata mmadụ ibe ya na-egosi otu obi onye ahụ dị maka na omume bụ uche mmadụ a hụrụ anya. O kwesịrị ka anyị mata na ụtọ na-arị ibe ya elu n'etiti ndị ọbụla ghọtara onwe ha. Ọnọdụ dị otu a na-eme ka onye ọbụla soọrọ ibe ya ihe ọ na-asọ ma sọpụrụkwa ibe ya otu kwesịrịnụ na kwa ka o siri kwesị. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpatara ndị Igbo ji asị na ụlọ ọbụla udo dị na ya, onye ndidi nọ na ya. Maka na ụtọ bụ e lechaa, a ghara.

INWE NSỌPỤRỤ

Inwe nsọpụrụ bụ mmadụ ịnabata ihe Chukwu kere na kwa otu O sịrị kee ha ma na-emesokwa ha omume n'ụzọ kwesịrị ekwesị. N'ihi ya, a ga-akọwa na inwe nsọpụrụ bụ mmadụ iji obi dị mma were na-ehulatara ụwa ma na-akwanyekwara ihe Chukwu kere, ùgwù dị ka o siri metụta ha. Ọmụmụaatụ ilu ụfọdụ banyere nke a bụ ndị a:

a. Onye fee eze, eze eruo ya.

Ọ bụ otu i siri bie ndụ gị, ka ụwa ga-esi nabata gị. Ọ bụ ihe onye chọrọ ka ọ ga-enweta maka na ọ bụ ihe onye tụrụ n'ahịa ka a na-azụtara ya. Onye chọrọ ihe ọma mewe ihe ọma. Onye chọkwaranụ ihe ọjọọ, kpawa agwa ọjọọ. Matakwa na ọ bụ onye sonyere ji n'ala na-egwuta ji. Mana onye sonyere ede n'ala bụkwa ede ka ọ ga-abọpụta. O kwesịrị ka anyị kpawa ezigbo agwa ka ihe ọma wee ruo anyị aka.

b. Nwa ewu gbuo ikpere naabọ n'ala, ọ ńụọ nne ya ara.

Ọ bụ onye wetuo ahụ ala, o nweta ihe ọ na-achọ. Onye ọbụla na-akpa ezi agwa na-abụ onye ihe na-agara nke ọma. Mana onye na-akpa ajọ agwa na-anọ n'ihe mgbu na kwa oke ịta ahụhụ mgbe niile. N'ihi ya, ọ bụ onye butuo onwe ya ala, Chukwu ebulie ya elu. Mmadụ ibutu onwe ya ala bụ mmadụ ime ihe o kwesịrị ime, gbaa mbọ otu o kwesịrị ịgba ma kpakwaa agwa otu o kwesịrị ka ọ kpaa. Site n'ọnọdụ dị otu a, mbulielu na-abịara onye na-eme ụdịrị ezi omume a n'ihi na ihe ọma na àgwà ọma na-edozi ọnọdụ n'ụzọ pụrụ iche.

ch. Nwaanyị leliạ di ya, ike akpọọ ya nkụ.

Ndị Igbo na-ekwu okwu were na-asị na mmadụ bụ chi ibe ya. Ihe okwu a na-akọwa bụ na enyemaka anyị niile,

nchekwa anyị niile, ndụ anyị nọ, mgbaziọnụ niile nke anyị na-enweta, obi ụtọ anyị niile dgz bụ nke Chineke Nna bi n'eluigwe na-enye anyị site n'aka mmadụ ibe anyị. Ihe ọbụla mmadụ ga-emere Chukwu, ya meere ya mmadụ ibe ya, n'ihi na ọ bụ Chukwu ka o meere ya. N'ihi ya, o kwesighị ka mmadụ leghara ihe na-enye ya ndụ, anya. Maka na onye ọbụla hapụrụ ebe o si eku ume bụ onye ume ga-asọ ma bụrụkwa onye ga-ekubi ume n'ike, ọ bụrụ ọnwụ!

d. Ihe e ji eji aka abụọ ebu arụsị bụ ka a kwanyere ya ugwu, ọ bụghị na e were otu aka buru ya na a gaghị ebunwu ya.

Ilu a na-akọwa na mmadụ niile Chukwu kere n'ụwa a, ma okenye, ma nwata, ma nwoke, ma nwanyị, ma onye mkpụmkpụ ma onye ogologo, ma onye ìsì, ma onye ógbi, ma onye ọrịa, ma onye ahụ siri ike, ma ogbenye, ma ọgaranya, kwesịrị ka a na-emeso ya omume dị mma n'ụdị dabara adaba ma kwesịkwa ekwesị. Onye ọbụla nọ n'ụwa a nwere ugwu na nsọpụrụ kwesịrị ka a na-enye ya. Ọ bụkwa ihe dị mma ma n'ihu nke mmadụ, ma n'ihu nke Chukwu ka a na-enye onye ọbụla ugwu na nsọpụrụ dịịrị ya. Okenye kwesịrị ka a sọpụrụ ya. Maka na ọ bụ otu okenye si ahụta ụwa dị ka okenye, ka nwatakịrị sikwuazị ahụta ụwa dị ka nwatakịrị. N'ihi ya, onye ọbụla nọ n'ụwa kwesịrị ka a na-akpaso ya agwa dị mma ka udo na ọńụ were ọnọdụ n'etiti anyị.

e. A gaghị ekworo na agụ na-emeri nwaenwe were sịzie na ụdara nwaenwe bụzị ụdara nwaagụ.

O kwesighị ekwesị chaachaa ka e were ihe onye adighị ike were ya nye onye karịrị ya, ike. Ụdịrị omume dị otu a bụ mmegbu na mmegide. Ọ bụ nleli na nleda mmadụ anya na-akpata ụdịrị agwa ọjọọ dị otu a. N'ihi ya, o

kwesịrị ka a hapụrụ mmadụ ihe o nwere ma na-ahụtakwuazị onye ahụ dị ka onye ihe o nwere, kwesịrị. Ọ na-abụkwa ezigbo ugwu na nsọpụrụ ma a na-ekiri ugo ma na-ekirikwa osisi o bere na ya.

ALỤMDI NA NWUNYE

Alụmdi na nwunye bụ ọnọdụ nwoke ịga dute nwaanyị abụghị nwanne ya n'usoro omenaala, ha abụọ ebiri dị ka omenaala siri kwadoo, were mụtawazie nwa maọbụ ụmụaka. Ọ bụ idute nwaanyị dị ka e siri kọwaa ka a maara dị ka ịlụ nwaanyị. Nwoke na-alụ nwaanyị. Nwaanyị na-alụ dị.

Ọ bụrụ na nwokorobịa tozuo ihe e ji nwoke eme, ọ ga-alụta nwaanyị ha abụọ ga-ebi were guzobe ezinaụlọ. Nwaagbọghọbịa ruokwanụ ogo ịlụ di, ọ lụọ di, ọ hapụ be nna ya na nne ya, wee lakwurukwa nwokorobịa ahụ na-alụ ya, ha abụọ ebiri were malitezie ndụ ezinaụlọ nke gụnyere ịmụta ụmụaka na ịzụlite ha n'usoro ndụ dị mma ma n'ihu mmadụ ma n'ihu Chukwu. Ndị Igbo nwere ọtụtụ ilu ha na-atụ banyere nke a. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị a:

a. Ihe di riri dị nwunye ya n'afọ.
Ihe ilu a na-akọwa bụ na ihe niile nwoke na-eme, mbọ niile ọ na-agba, akụ na ụba ya niile dgz bụ maka nwunye ya na ụmụ ha mụtara. Ilu a na-akọwakwa na nwoke ọbụla kwesịkwara ka ọ lụọ nwaanyị n'ihi na ọ bụ nwaanyị ga-ahazi ma kpokọọ ezinaụlọ otu o kwesịrị. N'ihi ya, akụ nwoke kpatara na kwa mbọ nwoke na-agba na ndụ ekwesighị ka ọ na-ala n'iyi. Ọ ga-enwerịrị onye ga na-elekọta ma na-ejikọlata ha ọnụ.

b. A wọ nwaanyị ihe ọ hụrụ n'anya, ọ kwụsị ịtụ ime.
N'ezie, ịlụ nwaanyị adighị mfe. Ọ bụ nnukwu ibu n'ebe nwoke nọ. Nwoke ọbụla na-alụ nwaanyị kwesịkwara

ịmata na ọ bụ ibu dị arọ, na ọ bụkwa ya bụ nwoke jere na be nke nwaanyị ahụ ọ na-alụ je bute ibu ahụ. N'ihi ya, olileanya bụ na o kwesịrị ekwesị ma zie ezi na nwoke kwesịrị ka o buruo ibu ahụ n'isi. O kwesighị ka o budebe ya n'ụzọ. Maka na ọ bụrụ na o budebe ya n'ụzọ, nsogbu ga-adapụta maka na nke o buru ebu nwere ike ịla n'iyi. N'ezie, mgbe ọbụla nwoke kwụsịrị imere nwaanyị ka o si emere ya, kwụsị ịnye ya ihe ka o si enye ya, kwụsị inyeju ya afọ ka o sibu enyeju ya, kwụsị ịgbara ya mbọ ka o si agbara ya, kwụsị ime ya obi ụtọ ka o sibu emere ya dgz, omume nwaanyị ahụ n'ezinaụlọ ha ahụ ga-agbonwokwa n'ụdị adighị mma ma bụrụkwa nke ga-eweta mgbarụ ihu na esemokwu n'etiti di na nwunye ahụ. Nke a ga-emekwa ka nwaanyị kwụsịzịa imere di ya ka o sibu emere ya. N'ihi ya, njọ na njọ ewetazịa ajọ ọnọdụ na ụbọchị amaghị kwụrụ.

ch. Ogori nwaanyị dabere na di ya o were mma na-egbuji okwu.

Ndị Igbo na-ekwu okwu were na-asị na di bụ ugwu nwaanyị, na di bụ okpu eze nwaanyị kpu n'isi ya. N'ihi ya, nwaanyị ọbụla lụrụ di na-abụ nwaanyị tozuru etozu n'obodo. Mgbe ọbụla nwaanyị ya na di ya dị na mma, chetara di ya, obi na-esi ya ike n'ihe ọbụla ọ na-eme n'ihi na ọ maara na o nwere onye kwụ ya n'azụ. Nwaanyị ọbụla lụrụ di na-azọ ọkpa n'ala, ọ na-azọsi ya ike maka na ọ maara na ńtē agaghị atụ. Ọ bụrụgodu na nte tụo, na ọkụkọ ga-elo ya. N'ihi ya, nwaanyị ọbụla ya na di ya na-ebi nke ọma na-eji ọkpa abụo were na-akwụdosi ike n'ala ma na-emekwa ihe, na-atụghị ụjọ ọbụla. Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji atụ ilu were na-asị na onye ọbụla nna ya dunyere ohi na-eji ọkpa agbọwa ọnụụzọ.

d. Di mezie nwaanyị ya, o megheere ya ọkpa nke ọma.

Ihe ilu a na-akọwa bụ na ọ bụ ụdịrị omume nwoke na-emeso nwunye ya na-akọwa ụdịrị n'ịhụnanya, nwunye ya ga-ahụ ya. Ọ bụrụ na nwoke na-arụ ọrụ ya n'ezinaụlo dị ka o kwesịrị, na-eleta nwaanyị ya anya nke ọma, na-akpachapụrụ ụmụ ha mụtara anya nke ọma, na-echekwaba nwaanyị ya ma na-enyeju ya afọ n'otu kwesịrịnụ, nwaanyị ya ga-ahụ ya n'anya nke ukwu ma hụkwuo ọkpa ọ zọrọ n'ala. Nwaanyị ọbụla nwere omume ọma niile a n'ebe di ya nọ, na-ede ede ka ede ụrị (ede e ji esi ofe). Ụdịrị nwaanyị dị otu ahụ na-abụ mmiri ọńụńụ, di ya kuru ya ńụọ, ahụ edoo ya ma jụọkwa ya oyi.

e. Ndozi esemokwu di na nwunye bụ n'ute.

Nwoke na nwaanyị na-alụ di na nwunye na-enwe nghọtahie ọtụtụ mgbe. Esemokwu na-adapụta n'etiti ha kwa mgbe ọbụla n'ihi na ọ dịghị mfe mmadụ abụọ enweghị otu chi, ibikọ ọnụ n'otu ụlọ ma na-emekọkwa ihe ọnụ. Olileanya bụ na ọ bụrụ na esemokwu dapụta n'etiti di na nwunye, ọ bụ ha abụọ ka ọ dịịrị idozi esemokwu ahụ. Ha ekwekwala ka onye ezi bịa doziere ha ihe ọbụla na-esere ha okwu. Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji atụ ilu were na-asị agwọ mara ebe o siri rịa elu, ya sikwa ya rịtuo. Ọ naghị adị mma ka onye ezi mara ka di na nwunye si ebi na be ha. Maka na ọnwụ ọbụla na-egbu ọkụkọ na-esi n'elu were na-abịa.

f. Mmanya na-egbu ogori bụ uru di ya

Di na nwunye bi n'ụlọ ekwesighị ka ha were oke amamihe were na-ebi n'ihi na ụtọ bụ 'e leta, a ghara' O kwesighị ka nwaanyị na-egosi di ya na ọ ka ya wee mara ihe nke ụwa, n'ihi na ọnọdụ dị otu a na-eme ka nwoke chee na nwaanyị ọ na-alụ karịrị ya, ma bụrụkwa onye ha

abụọ agaghị ebinwu. N'ihi na olileanya ya bụ na nwaanyị ahụ agaghị anọnwu n'okpuru ya. Mana, ọ bụrụ na nwaanyị maragodu ihe karịa di ya, ọ na-eme ka ọ maghị. Ọnọdụ dị otu a na-eweta obi isiike n'ebe nwoke nọ maka na nwaanyị bụ nwaanyị a na-alụ alụ, na ọ bụghị nwaanyị na-achụpụ di ya n'ụlọ. Na mkpọkọta, nwaanyị kwesịrị ka o mee ka nwaanyị, nwoke emee ka nwoke, ka udo na ọńụ were dị n'ụlọ. N'ihi ya, nwaanyị mekata ka ọ mara, o mee ka ọ maghị, ka di ya were na-ekuru ya n'ahụ mgbe niile.

g. Ime na-eme ogori na-eme di ya.

Nwoke na nwaanyị lụrụ di na nwunye abụrụla otu site na njikọ aka ọnụ ha jikọrọ na kwa site na nwa maọbụ ụmụaka ha mụtara. Ihe ọbụla metụtara nwoke maọbụ ihe ọma, maọbụ ihe ọjọọ, ga-emetụtarịrị nke nwaanyị. Ihe ọbụla dakwasara di adakwasala nwunye. Nsogbu ọbụla nwaanyị nọ n'ime ya na-abụkwa nke dịịrị di na-alụ ya. N'ihi ya, ma di, ma nwunye, ihe ọbụla dabatara n'etiti ha bụ ha abụọ ka ọ gbasara. Maka na ndị Igbo na-ekwu okwu were na-asị na ọ na-abụ anya bewe, imi ebewe n'ihi na ihe ọbụla gbasara nwaanyị agbasala di ya.

Isi Nke Iri

ỌNỌDỤ ILU N'ASỤSỤ IGBO

Onye ọbụla na-ekwu maka asụsụ Igbo, ga-ekwuịrị maka Ilu Igbo. Maka na e wepụ Ilu n'asụsụ Igbo, asụsụ Igbo abụrụ nke gba ọtọ. Mana, asụsụ Igbo jupụtara n'ilu, bụ okwu Igbo ma ọgọdọ mà kwụzuo akwụzu n'echiche na kwa na nghọta. Ọ bụ nkwenye dị otu a kpatara Emenanjo (1989: 1) jiri kọwaa sị:

> Onye Igbo ọbụla okwu na-adị mma n'ọnụ chọọ ikwu ụka ọ ga-ara ya ahụ ikwu mbunuuche ya n'ejighị ilu ọbụla. Ilu bụ otu atụmatụ agụmagụ Igbo. N'ezie, ọ na-adị ka ilu ọ bụ atụmatụ Igbo kara ndị ọzọ.

Dị ka Emenanjo siri depụta, 'N'ezie, ọ na-adị ka ilu ọ bụ atụmatụ Igbo kara ndị ọzọ' Ilu bụ atụmatụ Igbo kacha dị elu, nwee àgbà ma gbanye mkpọrọgwụ n'etiti ndị Igbo. Ọ bụkwa atụmatụ okwu ndị Igbo ejighị egwuri egwu ma bụrụkwa atụmatụ agụmagụ kacha ibe ya. Ilu dị oke mkpa n'asụsụ Igbo. Onye Igbo ọbụla maara nke a, maka na ọrụ ilu na-arụ n'asụsụ Igbo abụghị nke a na-enyo enyo. Olugbamigbe (2003: 398) mere ka anyị ghọta *na* 'Ọ bụrụ na a na-ahụta ilu di ka akụkọ amamihe na akọnauche ndị obodo, a mara na ihe dị n'ime ilu abụghị nke a ga-eleghara anya' Ilu dị ezigbo mkpa ka a mụo maka ya, mara ya ma marakwa ebe o siri pụta, otu o si apụta na kwa ebe o si apụta. Ọnọdụ ilu nọ n'asụsụ Igbo dị ka atụmatụ agụmagụ bụ nke karacha were dị elu n'etiti okwu nka niile e nwere n'asụsụ Igbo. Ọ bụ nkwenye dị otu a kpatara Nwadike (2009: 2) jiri kọwaa sị:

> A na-ahụtaba okwu ọbụla e kwuru maọbụ edemede ọbụla e dere nke ilu adịghị na ya dị ka nke 'gba ọtọ', ya bụ nke a na-achọ achọ na nkọwa kwudosiri ike ga-eme ka onye na-ege

> ntị were obi ụtọ na-ekwe n'isi na ihe a na-ekwu dabara nke ọma. Ụdịrị nkọwa ahụ na-esighị ike dị ka ofe gbara mmiri nke ngwa ofe adighị na ya.

Site na nkọwa a, ilu na-eme ka asụsụ Igbo, okwu Igbo na edemede Igbo ju eju ma rijuo afọ. Onye Igbo ọbụla maara atụ ilu, na-aghọta ilu, ma na-ahazi ilu nke ọma, bụ onye a na-ahụta dị ka onye maara ihe, mmadụ ọha, onye e ji eje mba na okwupụta okwu na ọbataobie n'okwu. Ọ bụ nkwenye dị otu a kpatara Nwadike (2003: 119) ji wee depụta ma kọwaa sị:

> A maara ndị Igbo amara maka ilu ha. Ọ bụ ilu ka e ji ama onye bụ ọkaokwu n'asụsụ Igbo. Okwu ọbụla maọbụ ederede ọbụla nke gba aka ilu na akpaalaokwu dị ka ofe dị gorogoro ma bụrụkwa nke e jighị ngwaofe tee. Mkpa ilu dị n'asụsụ Igbo abụghị ihe a ga-ekwegburu nwokwe na ji. N'ihi ya ka e ji atụ ilu ndị a: "A tụọrọ ọmata, ọ mata, ma a tụọrọ ofeke, o fenye isi n'ọhịa" "Onye nzuzu gara ikpe biliri ịla na-ajụ mgbe a ga-ebi ikpe"

Ọtụtụ ndị ọkammụta edeela ma nyekwa nkọwa ha, nghọta ha na echiche ha banyere ilu site n'ihe nkuzi dị iche iche ha na-ezipụta. Ashipu (2007: 605) kọwakwara sị:

> Ilu, dị ka otu ụzọ kacha pụta ihe e si echekwaba nzikọrịtaozi na omenaala bụ ụzọ kacha ada ụda na mmekọrịta n'omenaala e deghị ede, ma bụrụkwa nke a na-ekwupụta mgbe niile ma ndị nwe ya na-ekwukọrịta okwu. Ilu bụ asụsụ ndị obodo ma bụrụkwa nke a na-ekwupụta n'olu ndị nwe ya.

Obodo ọbụla nwere ilu okwu. Ọ bụkwa n'asụsụ ha ka ilu ha jupụtara. Ọ bụ ya kpatara Ashipu (2007: 605) jiri gaa n'ihu were dee sị, 'Asụsụ e ji ezipụta ilu bụ usoro mmaahụ mmekọrịta okwuọnụ nke ndị nwe obodo nke ilu si na ya apụta.' Ọ bụkwa site n'ihe na-eme n'obodo ọbụla, ndụ ha, nghọta banyere ndụ ha, echiche ha, mmekọrịta ha na mmadụ ibe ha, ihe ha nwere, ihe nwe ha na ihe ha nwe, chi ha na-efe, ọdịbendị na ọdịnaala ha, mmụta ha, dgz, ka ha si emebe ilu ma na-enwetakwa ilu. Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji atụ ilu were na-asị sị:

a. Ọ bụ nkụ dị na mba na-eghere mba nri.
b. Ọ bụ ọdịnaala na-ebu eke
ch. Mma onye nwere ka o ji ana aka
d. Ihe onye kpọrọ nkịta be ya ka ọ ga-aza ya.
e. Ọ bụ otu onye dị ka ihe ya na-adị.

Ilu niile ndị a e depụtara n'elu na-akọwa ma na-arụtụ aka na ilu ọbụla onye, ndị, obodo maọbụ mba ọbụla na-atụ na-esita na ndụ na ọnọdụ ndị ahụ were na-apụta. Ilu na-egosipụta omenaala na ọdịbendị obodo maọbụ agbụrụ dị iche iche e nwere. Na nkwado ha banyere echiche a, Ekegbo na Ezeuko (2012: 292) dere sị:

> Ilu bụ okwu e ji echekwaba ọdịnaala e jiri mara ndị n'ụzọ dị ukwu. Ụzọ e si ewepụta mkpụrụokwu nkọwa ọdịnaala ma were ha mebe okwu n'usoro nghọta ọdịnaala kọwara nke ọma maka ndụ ndị mmadụ na kwa gburugburu ha.

N'ala Igbo, ilu ndị Igbo na-atụ bụkwa nke mejupụtara asụsụ ha, bụ nka okwu ha si n'usoro ndụ ha na kwa echiche ha banyere ụwa were nweta. N'asụsụ Igbo, ọ bụghị okwu ọbụla na-abụ ilu. Ilu Igbo jupụtara n'echiche miri emi ma bụrụkwa nke chọrọ

nkọwa maka nghọta zuru oke . Ekegbo na Ezeuko (2012: 292) jiri gaa n'ihu were kọwaa sị:

> Ndị Igbo dị ka ndị bụ otu agbụrụ nwere ọdịnaala, na-atụ ilu nke ukwu. Ilu ndị a na-egosipụta akọnauche ndị mmadụ ọkachasị akọnauche ndị na-atụ ya. Ndị Igbo ji ilu akọwa onwe ha na kwa mmemme ọdịnaala ha.
>
> /

N'ezie, ka a na-ekwu maka ndị Igbo na asụsụ Igbo ka a na-ekwu maka Ilu Igbo, maka na ọ bụ ilu Igbo bụ Asụsụ Igbo, Asụsụ Igbo bụrụ Ilu Igbo. N'ihi ya, ilu Igbo ka e ji ama onye maruru Asụsụ Igbo ala, ma bụrụkwa nwaafọ Igbo anya ruru ala. Ilu okwu dị iche iche, nke jupụtara n'asụsụ Igbo ma bụrụkwa ndị nke anyị ji achọ asụsụ anyị bụ asụsụ Igbo, mma, bụ ndị nke nwere ebe ha siri pụta. Ọ bụ ịmata ebe ahụ ilu siri pụta, otu e siri nweta ilu, ka e siri malite ilu Igbo, ka a maara dị ka **Nsirinweta Ilu Igbo**. Ilu Igbo esighị n'elu were daa n'ala, anyị bụ ndị Igbo wee bukọrọ ha, wee malite kwuwe ha. Mba kwa! O nwere otu na kwa ụzọ pụrụ iche ndị Igbo si ewepụta ilu n'ihi na ilu okwu Igbo abụghị ya na-ewepụta onwe ya. Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji atụ ilu were na-asị:

a. Ọ bụ aka mere azụ ọ gbaa nkurụnkụ.
Ihe ilu a na-akọwa bụ na o nweghị ihe na-eji aka ya eweta onwe ya. Ọ bụ otu e siri dowe ihe ka ihe ahụ ga-adị. Ọ bụkwa otu e siri chọọ ka ihe dị ka ọ ga-adị.

b. Ọ bụ kpororom mere nkịta ji were gbọọ ụja.
Ilu okwu a na-akọwakwa bụ na ihe anaghị eme na nkịtị. Na ọ bụ ihe kpatara ihe jiri mee maọbụ na-eme. Ọnọdụ anaghị eweta onwe ya. Ọ bụ ihe na-eweta ọnọdụ na kwa otu ọnọdụ ga-esi wee dị. Ihe ọbụla merenụ nwere ihe

kpatara o jiri mee. Okwu ọbụla e kwuru nwere ihe kpatara e jiri kwuo ya.

ch. A chọwa anya anụ, a gaa n'isi ya.
Ihe ilu okwu a na-akọwa bụ na o nwere ebe ihe na-amalite. Ọ bụrụkwanụ na a chọo ịmata otu ihe siri dị, a tụọ n'ala were chọọ ka ihe ahụ siri bido.

d. E gbuchaa kporotom kporotom, ọ laa n'ubi diji.
Ilu a na-akọwa na ihe ọbụla a na-eme nwere ihe nwe ya. Ọ bụkwa ihe ahụ nwe ya na-akọwa maka ya. O nweịrị ihe ọ bụ maka ya ka e ji eme ya n'ihi na a naghị anọkata were mewe ihe.

e. Ọ bụ onye ji mma aka n'isi na-egbu ya.
Nkọwa ilu okwu a bụ na ọ bụ onye kwesịrị ime ihe na-eme ya. Na ọ bụkwa ihe e kwesịrị ime ka a ga-eme ma meekwa ya otu kwesịrịnụ ka e mee ya nakwa ka ọ ga-esi daba ma e mechaa ya.

N'ihi ya, ilu Igbo bụ okwu miri emi ndị Igbo na-ewepụta site n'ọnọdụ ha hụrụ onwe ha, ihe mere ha, ihe ha hụrụla na ndụ, nsogbu ụwa, ka okirikiri ha siri dị, ihe ha gabigara, ihe ha na-ahụ n'ụwa, ọnọdụ uwa, mmekọrịta ha na mmadụ ibe ha, akparamaagwa mmadụ ma nke anụọhịa, ije ụwa, ònàrà (experience) n'ụzọ dị iche iche, njekọrịta na nhụkọrịta dị n'ụwa, ndụ ndị ụwa, ihe mgbu, mgbaziọnụ na mbikọtaọnụ, ụzụ na ìzù dgz. Ilu okwu Igbo bụ site n'ihe ndị a ka ndị Igbo si ewepụta ha. Ilu okwu Igbo bụ onye na-ekwu ya na-ekwupụta ya site n'ihe mere ya. Ọ bụ ọnọdụ ndị dị otu a na-eme ka okwu kara aka ma dị omimi, si nwoke n'ọnụ pụta. Ọtụtụ mgbe, onye na-ewepụta ilu okwu ọhụrụ anaghị ama mgbe o jiri were asụsụ ọ na-asụ were wepụta ilu okwu. Mana, ozigbo okwu ahụ putara, e were ya mebe ma kwuwekwa okwu. Nwadike (2009: 7) kọwakwara sị:

> Ilu Igbo bụ nke e si n'ahụmihe ọdịnaala juru eju ma bara abara nke ụfọdụ n'ime ha bụ akụkọifo, nkwenye, usorondụ, akparamaagwa, nhụnuuche, mmetụtaobi, na kwa usoro zuzugbe echiche na mmetụtandụ, gburugburu ndị Igbo na anụọhịa ga, na kwa mmewere omenaala ga. Finngan (1976: 422), Obiefuna (1975: 156).

N'ihi ya, ndị Igbo na-esi n'ihe ọbụla nọ ha nso were na-enweta ilu Igbo. Ihe ọbụla gbasara ha bụkwa nke ha ji emebe ilu okwu n'asụsụ Igbo. Ndị Igbo bụ ndị Chineke ji ọgụgụisi zuru oke na amamihe tozuru etozu were chọọ mma. Ha na-ejikwa ọmarịcha onyinye ndị ahụ Chukwu nyere ha pụrụ iche were na-akọwapụta ka ndụ ha siri dị na ihe ndị ha na ha gbara na ndụ, si were dị. Ogbalu (1965: 4) dere ma kọwapụta sị:

> Ilu Igbo bụ ahụmihe Igbo e kpokọbara ọnụ kemgbe Igbo malitere. Mgbe o nweghị ihe ọbụla e dere maka ndị Igbo, ọ bụ site na ya ka e si amụ maka ndị Igbo. Ndụ gara aga, nghọta ha banyere ndụ na kwa usoro ezinaụlọ ha, ndọrọndọrọ ọchịchị obodo ha, na kwa ekpemekpe ha bụ site n'ilu bụ ụzọ kacha mma e si amụ ya. Ilu na-egosipụtakwa ndị Igbo dị ka ndị anya ruru ala nke ọma; ọ bụ n'ịrụtụ aka n'omume na ndụ osisi na anụọhịa jupụtara n'ụwa, na kwa ụwa nke anyị na-ahụ anya ka ilu egosipụtaghị onye Igbo dị ka ọkaibe.

N'ezie, ilu Igbo na-akọwa nke ọma maka ndụ ndị Igbo, ma ndụ nke ha birila, nke ha na-ebi na kwa nke ha ga-ebi. Ilu Igbo bụkwa nke e si na ihe merenụ maọbụ ihe e mere na-enweta, ma

tụọ ya maka echi. Ọ bụ nkwenye dị otu a kpatara ndị Igbo jiri nwekwaa ụfọdụ ilu na-akọwapụta echiche a dị ka:

a. Ihe mee mmadụ ọ mara ihe.

Ihe ilu Igbo a na-akọwa bụ na ọ bụ site n'ihe ọbụla mmadụ gabigara na ndụ ka o si enwe ezigbo nghọta banyere ndụ ọ nọ na kwa ụwa o bi na ya. Ọ bụkwa site n'ihe ahụ mere mmadụ na ndụ ya ka okwu amamihe si apụta nke anyị maara dị ka Ilu.

b. Onye ihe emeghị o wee mara ihe riri amosu

Nke a bụ ilu okwu ndị Igbo ji akọwa ndị nke ha, amamihe ihe karịrị nke ibe ha. A na-ahụta ụdịrị ndị a dị ka ndị nọ na ndo wee na-ahụ ọnwa ma bụrụkwa ndị nọ n'ụlọ were mara ihe zụrụ n'ahịa. Okwu ọbụla ụdịrị ndị dị otu a kwuru na-abụ ọkpụrụkpụ okwu ma bụrụkwa okwu miri emi a ga-eji were na-eme okwu n'asụsụ Igbo. Onye ọbụla a sị na o riri amosu n'amamihe n'ala Igbo bụ onye na-ahụ echi ma werekwa echiche ya banyere ndụ dị n'ihu mebe okwu ga-adọ ndị mmadụ aka na ntị ma duzie ha ụzọ.

ch. Mma onye nwere ka o ji ana aka.

Ilu a na-akọwa na ọ bụ ihe onye nwere ka o ji eme ihe ma werekwa na-eme ebube. Na ihe ọbụla na-eme bụ site n'ihe onye ahụ nwere ruru ya aka ka o si eme ya. N'ihi nke a, ọ bụ site n'ihe ndị nwere, hụrụ, mere maọbụ ihe ndị ruru ha aka, ka ha si emebe ilu. Ọ bụ n'ihe ndị ahụ ka ilu si apụta.

d. Ihe na-esi nkapị isi dị ya n'ọkpụkpụ.

Ihe ọbụla mmadụ ji eme ire, ihe mmadụ na-eme, omume onye, na-esite na ndụ onye ahụ. Ọ naghị abụ nke a nụtara anụta. Ilu Igbo anaghị abụ okwu nńụta. Ọ na-abụ okwu puru epu n'etiti ndị nwe ya, n'ihi na ọ bụ site n'ime ndị Igbo ka o si apụta.

e. Nkụ dị na mba na-eghere mba nri.
Ọ bụ ihe onye nwere ka o ji emepụta ihe. Ndị Igbo bụ ndị ji ihe ha nwere were na-eleru ọnọdụ ha, anya. Ọ bụ site n'ihe ndị ahụ bụ nke ha ma bụrụ nke si ebe ha bi were pụta ka ha ji eme ihe. N'ihi ya, ọ bụ site na ndụ ha, okirikiri ha na omenaala ha ka ha si enweta ilu Igbo.

f. Ihe agụ ji eme ire dị ya na mbọaka.
Ilu a na-akọwa na ọ bụ ihe onye bụ na-akọwa ihe onye ahụ na-eme. N'ihi ya, ilu Igbo niile nke e wepụtara n'asụsụ Igbo n'oge gboo, oge ugbua na kwa n'ọdịniihu bụ site n'onwe ha na kwa na gburugburu ha.

Ndị Igbo nwekwara ụzọ ha si egosiputa na ilu ha na-atụ bụ nke kwụzuru akwụzu ma zuo oke. Ha na-egosipụta nke a site na-ime ka a mara ebe ilu ha tụrụ siri ruo ha aka. Ogbalu (1978: 5) rụtụrụ aka na nke a site n'idepụta:

> Nnabata a nabatara ilu bụ nke gbadosiri ọkpa ike n'otu nnanna anyị siri guzobe ya. N'ihi ya, ọ bụ ome ibu ụzọ kwuo onye malitere maọbụ chepụtara ilu ọbụla a na-atụ maọbụ a chọrọ ịtụ tupu a tụwa ya, site n'ịsị na nna m sị maọbụ na ọ bụ nwanne m nwere akọnauche kwuru ya.

Ọ bụ nkọwa dị otu a kpatara na mgbe ụfọdụ maọbụ ọtụtụ oge, onye Igbo chọọ ịtụ ilu maọbụ chọọ ikwupụta okwu ilu maọbụ okwu dị omimi n'asụsụ Igbo, ọ ga-ebugodu ụzọ were sị:

a. Nna m sị….
Nna m sị na nwoke ọbụla nwaanyị na-afụrụ opi ji ọkpa awụla na be ndịmmụọ.

Ihe ilu a na-akọwa bụ na o kwesighị ka nwoke ọbụla maara ihe nke ọma bụrụ onye nwaanyị na-edu n'ihe ọbụla ọ na-eme maọbụ ihe ọbụla ọ chọrọ ime. Maka na nwoke nwaanyị na-eduzi ụzọ kwa mgbe ọbụla nwere ike ịdala n'ime olulu.

b. Nna m gwara m ….

Nna m gwara m na ọ bụ onye kpegbuo arụsị, o were ọkụ ya rie nri.

Ihe ilu a na-akọwa bụ na o kwesịrị ka mmadụ na-akpachapụ anya n'ihe ọbụla ọ na-eme ka ụta ghara idịrị ya n'ikpeazụ maọbụ ka ọ ghara inwe ikpe ọmụma n'ikpeazụ, maọbụ nwee ịkwa amakwaara n'ikpeazụ.

ch. Nnanna m sị ……

Nnanna m sị na dibịa oke okwu anaghị agbara onye ohi afa.

Ihe ilu a na-akọwa bụ na o kwesịrị ka a na-akpachapụ anya n'ihe ọbụla a chọrọ ime ka a ghara inwe nsogbu, maọbụ ka nsogbu ghara isi n'ime ihe ahụ a chọrọ ime were dapụta.

d. Nnanna m gwara m …..

Nnanna m gwara m na a naghị akpọ onye ohi agafe n'ubi.

Ilu a na-akọwa na a na-ezere ihe ọbụla ga-emebi ihe. N'ihi ya, onye mara ihe ọbụla ga-ebute nsogbu n'ihe ọbụla ọ na-eme, ihe ọ na-eme na ndụ ya, o zeere ya.

e. Nwanne m sị …..

Nwanne m sị na ọ bụ nka ka e ji agbara ehi ọsọ.

Ilu okwu a na-akọwa na onye ọbụla maara ihe bụ akọnauche ka o ji ezenahụ nsogbu ụwa. Maka ndị Igbo kwuru okwu were na-asị na ọ bụ uche ka e ji ebi n'ụwa.

f. Nwanne m nwoke gwara m ….

Nwanne m nwoke gwara m na ọ bụ ihe anụ na-eri ka e ji amata ya n'ọnya.

Ihe ilu a na-akọwa bụ na nsogbu ọbụla na-adapụtara mmadụ maọbụ ihe mgbu ọbụla na-abịakwute mmadụ na-esitekanarị n'ihe onye ahụ na-eme maọbụ n'ihe e jiri mara onye ahụ, were bịa. N'ihi ya, onye ọbụla maara ihe kwesịrị ịkpachapụ anya na ndụ ya na kwa ihe ọbụla ọ na-eme.

g. Onye Imo kwuru ……

Onye Imo kwuru na onye ejighị ego anaghị eri ofe Owere.

Ilu okwu a na-akọwa na mmadụ kwesịrị ka mmadụ tozuo etozu n'ihe ọ chọrọ ime, tupu onye ahụ emewe ihe ahụ. Mmadụ kwesịrị ikwado onwe ya nke ọma tupu ọ malite mewe ihe ka onye ahụ ghara ịtọ n'ụzọ.

gb. Onye Anambara kwuru

Onye Anambara kwuru na ọ bụ ego ka ọ ga-eri.

Ilu a na-akọwa na ego dị mkpa na ndụ anyị. Na ọtụtụ ihe anyị na-eme n'ụwa a bụ ego ka e ji eme ya. Ọ bụrụ na ego adighị, nsogbu adị n'ihina ọ bụ ego ka e ji egbo ọtutụ mkpa dị iche iche a na-enwe na ndụ.

gh. Onye Mbammiri sị …..

Onye Mbammiri sị ndụ mmiri, ndụ azụ, mmiri atala ma azụ anwụla.

Ihe ilu a na-akọwa bụ na ụwa a ga-abata onye ọbụla. Na Okeke ga-ebi, Okafọ ebirikwa. Onye biri, ibe ya ebirikwa n'ihi na ụwa sara mbara, ụwa ebuka. Onye emegbukwala ibe ya n'ihi na o nweghị ihe a na-azọ.

Usoro ndị a niile malite na '**a'** ruo na **'gh'** bụkwa ụzọ dị iche iche e ji amata ebe Ilu Igbo si, na kwa otu e siri nweta ha maọbụ na-enweta ha. N'ezie, asụsụ Igbo bụ nke jupụtara n'okwu Ilu. Ọ bụ ya kpatara Okafo (1999: iv) jiri dee ma kọwaa sị:

> Ilu bụ Igbo, Igbo bụ ilu n'ihi na a chụo aja ma a hụghị udele, a mara na ihe mere na be ndị mmụọ.

Mana, Ogbalu (1965: 4) kpokọrọ okwu banyere Ilu ọnụ site n'ịkọwapụta:

> Ilu n'etiti ndị Igbo bụ asụsụ jupụtara n'amamiihe. Ọ bụ asụsụ e ji edozi esemokwu n'etiti mba na mba, obodo na obodo; ọ bụ asụsụ e ji eme ego n'isi nwaanyị, azụkọrịta ahịa, nke kacha nke bụ iji ya were kwuo okwu ọma. Ọtụtụ obodo n'ala Igbo bụ naanị ilu ka ha ji enwe ọgbakọ ha, nzukọ ha na mkparịtaụka ha.

Nwadike (1981: 18) n'edemede ya banyere nkọwa na nghọta dị n'ime Ilu na kwa Nsirinweta Ilu rụtụrụ aka kpọmkwem sị:

> Ilu ndị Igbo bụ ọkpụrụkpụ okwu ndị mmadụ kwuru n'otu oge ma ọ bụ ọzọ, nke mechara, ndị ọzọ a na-eji ya ama atụ. Site n'ụzọ a ha ewuru ka okwu amamihe.

Na nchịkọta, ilu Igbo bụ nke ndị Igbo si n'etiti onwe ha ewepụta, chọpụta, kwupụta ma zipụtakwa n'etiti onwe ha, maka ọdịmma ha, mmụta ha, nkuzi ha, omenaala ha, asụsụ ha na kwa agamniihu ha.

Isi Nke Irinaotu

NJIRIMARA ILU IGBO

N'ala Igbo, na kwa n'agbụrụ Igbo, ilu bụ nnukwu njirimara n'asụsụ Igbo. Chukwu (2012: 904) kwadokwara nke a site n'ịkọwa:

> N'ala Igbo, e jighị ilu Igbo egwuri egwu, nke mere ka a hụta ya dị ka ụzọ kacha mma ndị Igbo ji ekwu okwu ha. Ọ bụ ya ka e ji ama onye bụ onye Igbo. Onye ọbụla rurula ogo ihe e ji mmadụ eme n'ala Igbo amaghị etinye ilu n'okwu ya, bụ onye a na-ahụta dị ka onye anaghị esonyere ibe ya n'ihe ha na-eme.

N'ezie, ọnọdụ ilu n'asụsụ Igbo dị elu, dị nnukwu mkpa ma bụrụkwa nke ndị Igbo ejighị eti epele. Onye Igbo ọbụla na-atụ ilu ga-amarịrị otu e si atụ ilu, ka e si eji ya ekwu okwu na kwa nkọwa ya. Onye Igbo ọbụla maara ilu, maara atụ ilu, na-aghọta ilu ma na-ahazi ilu nke ọma bụ onye a na-ahụta dị ka onye maara ihe, mmadụ ọha, onye e ji eje mba na okwupụta okwu na ọbataobie n'okwu. Ọ bụ nkwenye dị otu a kpatara Nwadike (2003: 119) jiri dee ma kọwaa sị:

> "A maara ndị Igbo maka ilu ha. Ọ bụ ilu ka e ji ama onye bụ ọkaokwu n'asụsụ Igbo. Okwu ọbụla maọbụ ederede ọbụla gba aka ilu na akpaalaokwu dị ka ofe dị gorogoro ma bụrụkwa nke e jighị ngwaofe tee."

Ọtụtụ ndị ọkammụta edeela ma nyekwa nkọwa ha, nghọta ha na echiche ha banyere ilu site n'ihe nkuzi dị iche iche ha na-ezipụta. Ashipu (2007: 605) kọwakwara ilu otu a:

> Ilu dị ka otu ọkpụrụkpụ ụzọ e si echekwaba nzikọrịtaozi na ọdịnaala bụ nke a na-ahụta dị ka omenaala edeghị ede ma bụrụkwa nke a na-ekwupụta mgbe ọbụla a na-akparịta ụbụbọ. Ilu bụ otu n'ime ihe e ji mara asụsụ obodo ma bụrụkwa nke a na-ekwupụta n'olu ndị nwe ya.

Obodo ọbụla nwere ilu. Ọ bụkwa n'asụsụ ha ka ilu ha jupụtara. Ọ bụkwa site n'ihe na-eme na be ha, ndụ ha, nghọta banyere ndụ ha na-ebi na kwa ụwa ha nọ n'ime ya, echiche ha, mmekọrịta ha na mmadụ ibe ha, ihe ha nwere, ihe nwe ha na ihe ha nwe, mmụta ha dgz, ka ha si emebe ilu ma na-enwetakwa ilu. Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji atụ ilu were na-asị:

a. Ọ bụ nkụ dị na mba na-eghere mba nri.
b. Ọ bụ ọdịnaala na-ebu eke.
ch. Ihe onye kpọrọ nkịta ya ka ọ ga-aza ya.
d. Mma onye nwere ka o ji ana aka
e. Ọ bụ otu onye dị ka ihe ya na-adị.

Ndị Igbo sị na ọ na-abụ ejula kpụrụ, ọ kpụrụ okiriko ya. Ọ bụ otu ahụ ka o siri dị n'ebe asụsụ Igbo na ilu Igbo dị. Asụsụ Igbo agaghị akwụzu akwụzu ma ọ bụrụ na ilu Igbo adịghị na ya maka na ọ bụ ilu Igbo bụ asụsụ Igbo, asụsụ Igbo bụrụkwa ilu Igbo. Ihe okwu a na-akọwa bụ ụdịrị mkpa na uru ilu bara n'asụsụ Igbo na kwa n'etiti ndị Igbo. Ọ bụ nkwenye na nghọta dị otu a kpatara Ofomata (2004: 160) jiri dee ma kọwaa sị:

> Ọ bụrụ na e kwuchaa okwu Igbo, dechaa maka asụsụ Igbo ma a kpọtaghị ilu aha, a mata na ihe a na-ede maọbụ na-ekwu, ezubeghị oke… Ndị Igbo na-eji ilu egosipụta otu ndụ ha dị, ụdịrị agwa ha na-akpa, ebumnuuche ha, nghọta ha, ofufe ha, omenaala ha, echiche ha banyere

> ndụ, otu ha siri were ụwa a, ịgba mbọ ha, amamihe ha, nkwenye ha, nghọta ha na mmekọrịta ha dgz. Ọ bụ site n'ilu ndị Igbo ka ị ga-esi chọpụta ihe ndị a niile.

Ọ bụ eziokwu na ilu bụ nke a maara na-apụta ìhè nke ọma n'asụsụ, ọkachasị n'agbụrụ dị iche iche e nwere n'ala anyị bụ Naịjirịa na kwa mba Afịrịka. Ọ bụ ya ka o jiri dị mma ma kwesị ekwesị ka a mata maka ilu na kwa otu e siri nweta ya maọbụ otu e si enweta ya, ya bụ Nsirinweta Ilu. Asụsụ Igbo, ma asụsụ Awụsa (Hausa), ma asụsụ Yoruba, ma asụsụ agbụrụ dị iche iche e nwere n'ala Afịrịka na kwa mba ụwa jupụtara n'ilu. Asụsụ Igbo sokwuazị n'asụsụ mba Afịrịka na kwa mba ụwa. O kwesịkwara ka a mata maka Nsirinweta Ilu ọkachasị ilu Igbo nke jupụtara n'asụsụ ha (asụsụ ndị Igbo). N'ezie, e nweela akwụkwọ olenaole dere ma chịkọta ilu, ma ilu Igbo, ma ilu Awụsa, ma ilu Yoruba. Mana, o nwebeghị nke dere maka Nsirinweta Ilu Igbo. Ọ dịkwa ezigbo mkpa ka a mata etu e si enweta ilu. Na nkọwa nke ya banyere Ilu na Nsirinweta ya, Finnegan (1970: 417) dere sị:

> Ebe ọ bụ na otu n'ime njirimara ilu bụ na ọ bụ ihe obodo niile ga-anabata, usoro maka mmadụ iwepụta ihe bụ echiche ya ka ọ bụrụ ilu anaghị eru n'isi… o nwere usoro mmadụ ga-esi wepụta okwu ilu ma mechaa bụrụ nke obodo nabatara dị ka etu Nyembezi siri kọwapụta maka ndị Zulu, o nweghị ndị ọ bụ ọrụ ha iwepụta ilu, mana ilu ọhụrụ bụkwa ndị nke na-esi n'aka ndị mmadụ were na-apụta; ọzọ kwa dị ka ibe ya bụ na o nwere ebe e mere ka anyị mara na ndị na-ewepụta ilu ndị Zulu izizi n'ihu eze maọbụ n'ụlọ ebe a na-ańụ mmanya bia ma bụrụkwa ndị a nabatara ma mee ka ọ na-ewu

> ewu bụ ụmụnwoke ndị a ma ama maọbụ ndị akụkọnegwu maọbụ ndị mkpaamụ.

Ilu ọbụla a na-atụ n'agbụrụ ọbụla e nwere ma n'agbụrụ Igbo ma n'agbụrụ ndị ọzọ e nwere n'ala Afịrịka na kwa mba ụwa nweịrị otu o siri malite. N'ihi ya, ilu ọbụla agbụrụ ọbụla na-atụ bụ ilu ha. Ọ bụkwa n'asụsụ agbụrụ ahụ ọ dị na ya ka ọ na-anọ were na-eme ire. Ọ bụkwa site n'otu ahụ ilu siri malite ka e siri nweta ya. Okpewho (1992: 227) na nkọwa nke ya banyere ilu, mmalite ya na nsirinweta ya dere sị:

> Ilu bụ ndị e si n'amamihe were na-ewepụta, nnyocha a kpachapụrụ anya were mee na-egosi na ilu nwere ụzọ atọ o siri malite. Otu n'ime ụzọ atọ ndị a bụ akụkọifo, ọkachasị ụdịrị nke na-akọwa ihe… E nwekwuazịrị ike isi n'okwu e kwuru ekwu banyere akụkọ mgbeochie. E nwere ọmụmaatụ ilu ndụmọdụ, nke na-ezipụta echiche ndịka, bụkwa nke e jiri mara ndị Maasaị nọ na Kenya: Nurua rraga mimanya (Nọrọ mana e bichikwala)… E wepụ akụkọifo na akụkọ ihe mere eme, ikekwe ụzọ ọzọ a ga-esi were na-enweta ilu bụ nke a na-ahụta site na nleruanya ala n'ọtụtụ ihe dị na gburugburu nke ndụ na kwa ihe gbasara mmadụ na akparamagwa ya. Ụfọdụ n'ime ilu ndị a bụ ndị gbasara anụmanụ dị ka otu ndị Zulu si ekwu na 'o nweghị nkapị onwe ya na-esi isi.'

N'ihi mkpa ilu dị na kwa ezigbo uru ọ bara n'asụsụ na kwa n'usoro ndụ agbụrụ ọbụla ọ dị na ya, ụfọdụ ndị odee edeela maka ilu. O kwesịkwara ka anyị mata na otu agbụrụ ndị Igbo siri bunye ilu oche dị elu ka agbụrụ ndị ọzọ kwa ha na ha nọ na Naịjirịa, na kwa agbụrụ ndị ọzọ e nwere na mba ụwa, ilu na-ehi

ụdụ n'asụsụ ha, siri were ilu dị ka isi a hụrụ were kwawa okpu n'asụsụ ha. Ogbalu (1965: 4) n'edemede ya banyere ilu na kwa nsirinweta ya, dere sị:

> Uru ilu bara dị ukwu. N'asụsụ ebe ọ bụ usoro dị mma iji ilu were na-akpa nkata isiokwu ya dị oke mkpa, o kwesịrị ka e mee ezigbo nnyocha banyere ha… Ilu Igbo bụ mkpokọta ahụmihe ndị Igbo kemgbe Igbo malitere. Ebe e nweghị akụkọala e dere ede banyere ndị Igbo, ọ bụ site n'ilu ka e si amata maka ndị Igbo. Akụkọala ha garala aga, echiche banyere ndụ ha na kwa mwube ezinaụlọ, ndọrọndọrọ ọchịchị ha na mpaghara obibi ha bụ ndị ọ bụ site n'ilu ka e si amata maka ha. Ilu na-egosipụtakwa onye Igbo dị ka onye anya ruru ala nke ọma; a ga-ekwube maka nrụtụaka n'ebe omume na ndụ ma osisi ma anụmanụ dị, ka ọ bụ ndụ mmadụ na kwa ụwa anyị nọ n'ime ya nke ilu Igbo si na ya were na-egosipụta onye Igbo dị ka onye amamihe zuru ahụ.

Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpatara ndị Igbo ji atụ ilu were na-asị na ofeke anaghị ama mgbe e kere nkụ ụkwa. Maka na ọ bụ onye tọọ ntị n'ala, ọ nụ ugheri danda. Okafor (1999: iv) na nkọwa nke ya banyere ilu Igbo, dekwara sị:

> Ilu bụ otu n'ime agụmagụ ọdịnaala e nwere ike ịkpọ ọhịa a na-achụ nta arụ aka mana ọ bụ ihe mwute na e nwebeghị ọtụtụ akwụkwọ e dere maka ya.

N'ezie, o nwebeghị ọtụtụ akwụkwọ e dere banyere Ilu, ọkachasị Nsirinweta Ilu. Mana Onwuka (2006: 14) kọwakwara otu ilu

kwesịrị ka ọ dị na kwa ka onye na-atụ ya kwesịrị ka o siri na-atụ ya:

> O kwesịrị ka a mata n'omenaala Igbo na ilu dabara adaba na-esi n'ebe kwesịrị ekwesị were na-apụta maka na onye na-ekwu okwu anaghị ebu ụzọ were chepụta ilu tupu o were ha kwube okwu.

Dika Okafor (1990: 4) siri kọwaa na o nweghị otu a ga-esi dee maka asụsụ ndị Igbo na kwa agbụrụ Igbo were hapụ ịkọ maka Ilu. Maka na o nweghị otu mmiri siri zoo ka ala hapụ ịma. Ọ bụ ya kpatara o jiri dị oke mkpa ka a mata otu e si enweta ilu na kwa ụzọ dị iche iche e si eji ilu were na-emebe okwu. Obodo (2013: 8) n'iwepụta echiche na nghọta nke ya banyere Ilu na Nsirinweta ilu kọwkwara sị:

> Ọ dịghị onye maara mgbe ilu malitere. Ilu so n'agụmagụ ọdịnaala. Ọ dịghị ndị a ga-asị na ilu si n'aka ha malite. Mba ọbụla na-atụ ilu. Ihe e ji atụ ilu na-abụ ihe dị na mba maọbụ ihe mere na ndụ mmadụ. E nwere ike iji ihe mmadụ mere maọbụ ihe o kwuru maọbụ ihe mere mmadụ were tụọ ilu. Mmadụ nwere ike iji ihe ọ hụrụ, tụọ ilu.

Site n'ọmarịcha nkọwa niile ahụ ndị odee dị iche iche dere banyere ilu, mmalite ilu, nkọwa ilu, nghọta ilu, nsirinweta ilu n'asụsụ agbụrụ Igbo na kwa agbụrụ ndị ọzọ, ọ bụrụla ihe doro anya na ilu bara nnukwu uru, na-arụ ọrụ pụrụ iche ma nọdụ n'ọnọdụ dị elu n'asụsụ Igbo na kwa asụsụ na agbụrụ ndị ọzọ e nwere n'ala Naijiria, ala Afịrịka na kwa mba ụwa.

Isi Nke Irinaabụọ

ILU IGBO NA USORO ỊTỤ ILU N'ASỤSỤ IGBO

N'ezie, mwube Ilu Igbo na kwa iso usoro dabara adaba n'ịtụ ya, bụ maka onye maara ihe, nwee ọgụgụ isi ma zuo oke nke ọma na mmadụ. Ilu Igbo abụghị maka ofeke, onye nzuzu maọbụ onye iberibe. Ilu Igbo na-adị omimi na nghọta. Ọ bụkwa nke a na-atụ anya na ọ bụ naanị onye maara ihe, onye anya ruru ala na kwa onye uche ya zuru oke na-aghọta ya ma e kwuo ya. Ọ bụ nghọta dị otu a kpatara ndị Igbo ji atụ ilu were na-ekwu na 'Onye ọbụla a tụọrọ ilu were kọwaara ya ilu ahụ marakwa na ego e jiri lụọ nne ya lara n'iyi.' Ihe okwu ilu a na-akowa bụ na onye anaghị aghọta ilu bụ onye etozughị etozu n'amamihe. N'ezie, Ilu okwu bụ okwu na-adị ọkpụrụkpụ na nghọta mana nkọwa ya na-eme ya ka ọ dị nro ma doo anya. N'ihi ya, Ilu Igbo bụ okwu Igbo e ji ama ezigbo nwaafọ maọbụ nwaamaala n'ala Igbo. Ofomata (2004: 160) n'edemede ya banyere Ilu Igbo kọwapụtara sị:

> Ọ bụru na e kwuchaa okwu Igbo, dechaa maka asụsụ Igbo ma a kpọtaghị Ilu aha, a mata na ihe a na-ede ma ọ bụ na-ekwu, ezubeghị oke. N'ihi nke a, a ga-asị na Ilu bụ okwu miri emi na nghọta, ndị Igbo ji akọwa onwe ha, asụsụ ha na ebumnuuche ha.

Site na mwube Ilu Igbo na kwa igbaso usoro kwesịrị ekwesị n'ịtụ ya ka onye Igbo maara asụsụ Igbo si akọwapụta onwe ya n'ụzọ kacha mma. Ọ bụ site na nghọta dị otu a kpatara ndị Igbo ji eji Ilu were na-akọwapụta onwe ha mgbe ọbụla ha na-ekwu okwu maọbụ na-akọ maka ihe dịịrị ha. Ọ bụ echiche dị otu a kpatara Emenanjo (1989: 1) na nkọwa ya banyere ọnọdụ Ilu n'asụsụ Igbo jiri mee ka anyị mata sị:

> Onye Igbo ọbụla maara Ilu dị ka mmanụ maọbụ abụba e ji eri okwu. Onye Igbo ọbụla okwu na-adị mma n'ọnụ chọọ ikwu ụka, ọ ga-ara ya ahụ ikwu mbunuuche ya n'ejighị ilu ọbụla. Ilu bụ otu atụmatụ agụmagụ Igbo. N'ezie, ọ na-adị ka Ilu ọ bụ atụmatụ Igbo kara ndị ọzọ.

Ihe o jikwanụ were dị ka Ilu ọ bụ atụmatụ agụmagụ karịchara ibe ya bụ na ilu bụ asụsụ Igbo, asụsụ Igbo bụrụ Ilu Igbo. Ihe nke a na-akọwa bụ na okwu Igbo niile jupụtara n'ilu okwu. Ọ bụkwa ilu okwu na-eme ka okwu Igbo na-adaba nke ọma dị ka e siri chọọ ma bụrụkwa nke ga-eme ka echiche niile a chọrọ izipụta pụtachaa ìhè ma kwụzuokwa akwụzu. Nwadike (2003: 119) dere ma kọwaa sị:

> A maara ndị Igbo amara maka ilu ha. Ọ bụ ilu ka e ji ama onye bụ ọkaokwu n'asụsụ Igbo. Okwu ọbụla nke gba aka ilu na akpaalaokwu dị ka ofe dị gorogoro ma bụrụkwa nke e jighị ngwaofe tee. Mkpa ilu dị n'asụsụ Igbo abụghị ihe a ga-ekwegburu nwokwe na ji.

Onye Igbo ọbụla chọrọ ka ọ na-esonye n'okwu maọbụ na-aghọta okwu mgbe ọbụla a na-ekwu ya n'Igbo maọbụ na-asụ asụsụ Igbo, ga-abụrịrị onye ga-aghọta Ilu. Maka na okwu Igbo anaghị agba aka ilu okwu n'ihi na ọ bụ ilu okwu na-enye ya oche o ji anọ ala ma bụrụ ọkpọkọpị. Basden (1921: 273) kọwakwara sị:

> Ilu, akụkọifo na akụkọ ga bụ ndị na-abata na nkata ndị mmadụ na-akpa, ịmata ha dịkwa ezigbo mkpa iji were nwee ike were nwee mmasị jupụtara n'amamihe n'isiokwu nkata

> ọbụla. Narị kwuru narị ilu bụ ndị a na-atụ, e sikwa na ha were na-enweta azịza maka ajụjụ ọbụla si na ha dapụta. Nkọwa ilu ụfọdụ na akụkọifo bụ nke na-edo anya mana ụfọdụ na-agba gharịị.

N'ezie, ilu na-ata akpụ na nghọta maka na ọ bụ okwu amamihe ntọala jupụtara n'ime ya. Ndị Igbo na-eme ka mwube ilu kaa aka ma bụrụkwa ọkpọkọpị n'ọdịdị ya nke ga-eme ka echiche na ghọta dị n'ime ya bụ ahịrịilu zuo oke ma dịkwa n'ụdị dabara adaba n'asụsụ Igbo. Ọ bụ ya kpatara Okafor na Osondu (2013) jiri dee sị: 'Ilu bụ ngwaọrụ ndị okenye ji eme ire n'okwu. Mana taa, ndị Igbo ọkachasị ndịntorobịa amaghị ilu, ha amaghịkwa eji ya ekwu okwu' Ọ bụ nkwenye dị otu a kpatara ndị Igbo ji atụ ilu were na-asị na ọ na-abụ *'A tụọrọ ọmara, ọ mara, mana a tụọrọ ofeke, o fenye isi n'ọhịa.'* Ihe okwu a na-akọwa maọbụ ilu a na-akọwa bụ na ọ bụ e kwuo okwu dị omimi, onye maara ihe ga-aghọta ihe a na-ekwu mana onye amaghị ihe agaghị aghọta ihe okwu nyere. Ilu ọzọ kwa bụ *'Ofeke anaghị ama mgbe e kere nkụ ụkwa.'* Ihe okwu a na-akọwa bụ na onye amamihe ya erughị ala anghị amata mgbe e kwuchara okwu dị mkpa ma kapịa ya ọnụ. Ilu ọzọ kwa bụ na *'Ofeke anaghị ama na ada nne ya bụ ọbịa.'* Ilu a na-akọwa na onye etozughị etozu ma zuo oke n'okwu Igbo anaghị ama aka nri ya na aka ekpe ya. Ọ bụ ya kpatara Mbah (2007: 209) jiri dee maka ilu sị:

> E nwere ike ịkọwa ya dị ka akọnauche ọtụtụ ndị na akọ otu onye. Ọ gụnyere ahụmihe a chịkọrọ ọnụ na kwa akọnauche e kpokọbara ọnụ kemgbe afọ kwuru afọ ma bụrụkwa nke e wekọrọ ọnụ na nghọta dị mfe.

Mwube Ilu okwu na-egosipụta akọnuuche maka na ọ bụ onye nwere akọnuuche bụ onye ga-aghọta ya. Ọ bụ ya kpatara ndị

Igbo ji agba mbọ ịhụ na ha maara Ilu Igbo maka na ọ na-enyere aka n'ịmụbawanye akọnuuche onye. Ọ bụ nkwenye dị otu a kpatara Davids (1980: 6) jiri dee ma kọwaa maka usoro a na-agbaso n'itụ ilu n'asụsụ Igbo sị:

> Ihe e ji ama ndị maara ihe bụ usoro pụrụ iche ha ji eji ilu Igbo ekwu okwu, ma bụrụkwa ndị a na-akwanyere ugwu. Onye ọbụla na-eji ilu Igbo ekwu okwu na-eji ike ekwu okwu ya, ọ naghịkwa achọ ige onye na-anụ ihe ọ na-ekwu ntị, ọ bụ ya kpatara onye Igbo ji ekwu "Mgbe ilu m gwụrụ, ka ụka m gwụrụ."

N'ezie, onye ọbụla maara maka ilu ma marakwa usoro a na-agbaso n'ịtụ ilu Igbo na-abụ onye zuru onwe ya n'okwu Igbo. Ọ naghị akụja akụja n'ọgbọ okwu. Mgbe ọbụla, onwe ya na-eju ya afọ maka na ilu Igbo mere ya ọ mara anya e lere ele na anya a rọrọ arọ. Ọ bụkwa ya ga na-achọ ka ndị maọbụ onye na-anụ olu ya gee ya ntị nke ọma ma mata ihe bụ ụyà danda. N'ihi nke a, nkọwa Davids (1980) dabara nke ọma maka na okwu niile a chọrọ ikwu maọbụ nke e kwuru bụ nke e ji ilu Igbo ezipụta dị ka Mbah (2007) siri kọwapụta. Anugom (2010: 23) kọwakwara:

> N'ụfọdụ dịka ilu, akpaalaokwu, ụkabụilu, mmemmadụ, asịniilu dgz ka ndị Igbo na-esi egosipụta etu ha siri were ahụ mmadụ na nsọpụrụ ha na-enye ya ma na-adụkwa onwe ha ọdụ.

Ọ bụghị naanị etu onye si were na-ahụ ihe na kwa ịdụ ọdụ, ịdọ aka na ntị, ka ilu Igbo na-arụ. Ilu Igbo bụ ihe metụtara usoro ndụ ndị Igbo. Maka na omenaala ha, ọdịnaala ha, usoro ndụ ha, nghọta ha na kwa akọnuuche ha gbadosiri ọkpa ike n'ilu Igbo. Ọ bụ ya kpatara asụsụ Igbo ji bụrụ nke ilu Igbo jupụtara na ya ma

bụrụkwa njirimara ndị Igbo. Osuji (2009: 183) na nkọwa nke ya banyere ilu Igbo na iso usoro ịtụ ilu Igbo rụtụkwara aka na ya site n'idepụta sị:

> N'ime njirimara omenaala Igbo niile e nwere, ọ bụ ilu Igbo na akpaalaokwu kacha egosipụta omimi asụsụ Igbo dị. Onye Igbo ọbụla maruru ihe ala agaghị ekwu okwu were hapụ iji ilu maọbụ akpaalaokwu were kọwapụta okwu ya. N'ezie, asụsụ Igbo jupụtara n'ime okwu nka abụọ a.

Ihe ọbụla onye Igbo chọrọ ikwupụta n'ụzọ mkpokọta bụkwa nke ọ ga-etinye n'ilu Igbo. Ilu Igbo metụtara mpaghara ndụ ndị Igbo. O nweghị ụzọ ndị Igbo si ebi ndụ adịghị n'ilu Igbo. Ọ bụ site n'ilu Igbo ka ndị Igbo si amata maka ụwa ha n'oge gboo, ndụ ha birila ebi, nnanna ha, akparamagwa ha n'oge gboo na kwa n'oge ugbua, mgbazịọnụ, idi uchu n'ọrụ, mkpachapụ anya, irube isi, ịrụsi ọrụ ike, ahụmihe na ndụ dgz. Nwadike (1981: 18) kwadosiri nke a ike site n'ịkọwapụta:

> Ilu ndị Igbo na-ebitụ aka n'ụzọ ọbụla na ndụ ndị Igbo: ndụmọdụ, anya iru ala, nchedo Chineke, ịgba ume, nkasị obi, udo, nzuzu, mkparị, ịkwụwa aka ọtọ, ume ala, ịdị uchu n'ọrụ, ịlụ ọgụ, na ihe ndị ọzọ. Ilu ndị Igbo bụ ọkpụrụkpụ okwu ndị mmadụ kwuru n'otu oge maọbụ nke ọzọ, nke mechara, ndị ọzọ a na-eji ya ama atụ. Site n'ụzọ a ha ewuru ka okwu amamihe.

Nkọwa a na-arụtụ aka ma na-egosipụtakwa ihe niile banyere ndị Igbo, ebe ha bi, ebe ha si, asụsụ ha, omenaala na ọdịnaala ha, mmekọrịta ha na mmadụ ibe ha, na ihe ha niile, gbadoro ụkwụ

ma gbadosie ike n'ilu Igbo. Ọ bụ nghọta dị otu a kpatara ndị Igbo ji atụ ilu were na-asị:

a. Ọ bụ ebe onye bi ka ọ na-awachi. – ***Ebe ha bi.*** Ndị Igbo ejighị ebe ha bi na kwa gburugburu ha were na-egwuri egwu. Ha na-akpachapụrụ ya anya.

b. Onye ije na-aga ọ dị ka o nweghị be – ***Ebe ha si.*** Ebe ọbụla onye Igbo nọ, ebe ọ na-aga maọbụ ebe o jere, echiche ya niile dị n'ebe o siri pụta, ya bụ obodo ya (be nna ya). N'ala Igbo, n'ebe onye Igbo ọbụla nọ, ihe dị ya n'obi bụ: **Ọ bịara ije nwe ụla.**

ch. Igbo na-asụ n'olu n'olu mana ha kwaa ụkwara ọ bụrụ otu – ***Asụsụ Igbo***. Ihe jikọrọ Igbo niile ọnụ bụ asụsụ Igbo. Ọ bụkwa site n'asụsụ Igbo ka onye Igbo si amata nwanne ya. N'agbanyeghị na olu asụsụ ha abụghị otu, asụsụ Igbo bụkwa asụsụ jikọrọ Igbo niile ọnụ ma bụrụkwa asụsụ njirimara ndị Igbo.

d. Ọ bụ nkụ dị na mba na-eghere mba nri – ***Omenaala.*** Ndị Igbo nwere usoro ha si ebi ndụ. Obodo ọbụla n'ala Igbo nwekwara ọdịbendị. Ọ bụ site n'ọdịbendị a ka ha si ezipụta otu ha si ebi ndụ nakwa ka ha siri chọọ ka a na-eme na be ha. Mana, n'ala Igbo niile, ndị Igbo nwere usoro kwesịrị ka onye Igbo ọbụla na-eso n'omume ya na kwa usoro e wepụtara maka agamnihu na udo n'obodo.

e. Egwuregwu nkịta bụ nke daara ibe ya, ibe ya adaara ya. –***Mmekọrịta ha na mmadụ ibe ha***. Ndị Igbo bụ ndị kwenyere n'ụzọ purụ iche na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ọ bụ ya kpatara ha ji

ebikọ ọnụ maka na ọ bụ nkwenye ndị Igbo na ụwa otu onye bi ka mma n'afọ. Ndị Igbo bụ ndị na-ekele onwe ha ekele, na-eleta onwe ha, na-enyere onwe ha aka. Ọ bụ ya kpatara ha ji atụ ilu were na-asị na ọ bụ a nyụkọọ amịrị ọnụ, ọ gbọọ ụfụfụ.

Na nkwado ya na kwa nkọwa ya banyere ilu Igbo na usoro a na-eso n'ịtụ ilu Igbo, Nwadike rụtụrụ aka na nke a site n'ide, dị ka o siri dị n'edemede ya ahụ e wepụtara n'elu, sị "Ilu ndị Igbo bụ ọkpụrụkpụ okwu ndị mmadụ kwuru n'otu oge ma ọ bụ ọzọ, nke mechara, ndị ọzọ a na-eji ya ama atụ. Site n'ụzọ a ha ewuru ka okwu amamihe." N'ezie, a na-ewube ilu ewube tupu e were ya mebe okwu. Ilu ọbụla e wubere ma bụrụkwa ilu kwụzuru akwụzu bụ nke gbasoro n'usoro n'okwu ilu n'ihi na ọ na-abụ a kpachaa ala, a kọọ ya ji. hapụ ukwu osisi were gbawa ọsọ, aka akpara ya.

Isi Nke Irinatọ

ILU NA AKPAALAOKWU N'ASỤSỤ IGBO

Ilu na akpaalaokwu bụcha atụmatụ okwu ndị Igbo ji achọ asụsụ ha mma. Ha bụcha okwu omimi nke ndị Igbo ji eme ka okwu ha na asụsụ ha daa ụda ma kwụrụkwa chịm. Ezigbo nwaafọ Igbo na-ekwu maọbụ na-asụ asụsụ Igbo, ọ na-esi n'iwebata atụmatụ okwu dị iche iche dị ka ilu, akpaalaokwu dgz. were na-egosipụta na asụsụ Igbo doro ya anya nke ọma. Okwu Igbo ọbụla atụmatụ okwu adịghị na ya na-adị ka ọ gba ọtọ n'ihi na ọ bụ atụmatụ okwu ka ndị Igbo ji amanye okwu ha ọgọdọ. Atụmatụ okwu na-eme ka okwu na nghọta ha gbaa ọkpụrụkpụ ma ju eju n'ụzọ kwesịrị ekwesị. Emenanjọ (1989: 61) kọwara atụmatụ okwu n'ụzọ dị otu a:

> E ji atụmatụ okwu achọ okwu ọnụ ma ọ bụ edemede mma. Ka o si akwụ chịm chịm n'ọdịdị ya ka o si ada gem gem na ntị. Atụmatụ okwu na-eme ka ekwumekwu maọbụ edemede juo ejuo, dị ebube, nwee uru, dị omimi ma sụrụ gedee. Atụmatụ okwu nwere ike ịbụ otu nkebiokwu… Site n'ọdịdị ya, atụmatụ okwu ọbụla na-adị ka fọmụla. E nweghị ike itinye ihe masịrị onye, e nweghịkwa ike iwepụ ihe masịrị onye. Atụmatụ okwu ọbụla na-enwekarị otu nghọta ka omenaala siri nabata ya.

Atụmatụ okwu ilu na akpaalaokwu bụ ụfọdụ n'ime ndị nke nwere usoro a na-agbaso ma a na-ekwu ha. Atụmatụ okwu na ilu bụcha okwu nka ndị Igbo ji ahazi okwu ha nke ọma ma mee ka okwu ha na-adị ụtọ na ntị ma nwekwaa nghọta dị omimi. Ma ilu, ma akpaalaokwu, a na-akọwa ha akọwa n'ihi na nghọta ha na-adị

n'ime okwu e jiri ha were kwuo. Onye amaghị ha (ilu na akpaalaokwu) ma e kwuo ha agaghị ama ha. Onye ahụ agaghịkwa aghọta ha. Ma nwoke, ma nwanyị, ma nwata, ma agadi, o nweghị onye ịtụ ilu maọbụ ikwupụta akpaalaokwu sọrọ nsọ. Onye ọbụla maara atụ ilu na-atụ ilu. Onye maara eji akpaalaokwu ekwu okwu na-ejikwanụ ya ekwu okwu. N'ihi na ilu na akpaalaokwu na-apụtakanarị ihè n'okwu Igbo apụtaghị na ọ bụ ha bụ naanị atụmatụ okwu e nwere n'asụsụ Igbo. E nwere ọtụtụ atụmatụ okwu dị iche iche nke ụfọdụ n'ime ha bụ: mmemmadụ, ọgharaokwu, egbeokwu. mbụrụ, akpụokwu, igbuduokwu, ororughaokwu dgz. Mana atụmatụ okwu ndị nke edemede a lebara anya na ha bụ ilu na Akpaalaokwu.

Ilu bụ okwu dị omimi ndị Igbo ji aghụ okwu ha ahụ ma yinye ha akwa. Okwu Igbo ọbụla ilu dị na ya bụ okwu jupụtara n'amamihe, nghọta na kwa echiche miri emi. A na-atụ ilu atụ. A naghị ekwu ilu ekwu. Gịnị bụ ịtụ ilu atụ karịa ikwu ya ekwu? Ihe e ji atụ ilu atụ bụ maka akọnuuche jupụtara n'ime ya. Ịtụ ilu atụ bụ ịkpachapụ anya were kwupụta ya n'usoro kwesịrịnụ dị ka e siri wube ya. Dịka Emenanjo siri kọwaa sị "Atụmatụ okwu ọbụla na-adị ka fọmụla. E nweghị ike itinye ihe masịrị onye, e nweghịkwa ike iwepụ ihe masịrị onye." N'ezie, ilu bụ okwu nka nke a na-akpachapụ anya were na-ewepụta. Nwadike (1981: 18) n'ụzọ nke ya kọwakwara ilu sị:

> Ilu bụ okwu amamihe nke dị omimi ndị Igbo ji achọ asụsụ mma. Mazị Ugonna sịrị na ilu bụ abụbọ ndị Igbo ji eri okwu. Mazị Achebe na ntụgharị ya na Bekee sịrị na ọ bụ mmanụ ndị Igbo ji eri okwu. Ilu ndị Igbo na-ebitụ aka n'ụzọ na ndụ ndị Igbo: ndụmọdụ, anya iru ala, nchedo Chineke, ịgba ume, nkasi obi, udo, nzuzu, mkparị, ịkwụba aka ọtọ, ume ala, ịdị uchu n'ọrụ, ịlụ ọgụ na ihe ndị ọzọ.

Ilu Igbo bụ usoro okwu na nka okwu ndị Igbo ji achịkọ echiche ha na amamihe ha, ọnụ n'okwu. Ilu bụ okwu a na-akpachapụrụ anya were na-ekwu. Ọ bụ okwu na-edozi okwu ma bụrụkwa okwu na-akwụdoro okwu iji were mee ka okwu gbaa mkpọrọgwụ ma kaa aka. Ọ bụ nkwenye dị otu a kpatara Ezema (2012: 96) jiri soro kweta sị:

> Ilu bụ nnu na mmanụ Ndịigbo ji esu okwu. Ndị okenye ji ilu egosipụta echiche miri emi. Igbo nwere ilu maka okwu ọbụla pụtara, ha chọrọ ikwu okwu na ya.

N'ezie, ọ bụghị naanị 'Ndị okenye ji ilu egosipụta echiche miri emi' Onye ọbụla bụ onye Igbo maara nka okwu bụ onye ilu Igbo na-ejere ozi. Ụdịrị onye dị otu ahụ ka a na-akpọ n'okwu maka na a maara na ọ ga-ama dozie okwu ma mee ka okwu tara akpụ dị nro ma dịkwuazị mma nnabata. Na nghọta nke ya, Nwala (2010: 380) mekwara ka anyị mata:

> A na-ekwu na etiti ndị Igbo niile na 'ilulu bụ mmanụ eji eri okwu.' Otu ahụ mmanụ si eme ka ji tọọ ụtọ, ọ bụkwa otu ahụ ka ilu si eme ka arụmarụụka daba nke ọma. Mmadụ na-eji ilu were kọwaa onwe ya nke ọma n'otu ndị mmadụ ga-esi ghọta ya, ilu na-emekwa ka ihe adịghị mma ịnụ na ntị bụrụ nke a na-egere site n'ụdịrị egwu na amụ ọ ga-esi na-akọwapụta ihe ndị ahụ. N'ezie, mmadụ na-eji ilu were mee ka ndị na-ege ya ntị kweta n'ihe ọ na-ekwu ma werekwa ya merie n'arụmarụụka. Ọzọ kwa bụ na mmadụ na-eji ilu were gosipụta na ọ bụ ezigbo nwaafọ Igbo n'ihi na okwu ya bụ nke na-aba na ntị.

Okwu ọbụla a na-ekwu n'obodo, onye ọbụla maara ilu malite kwuwe okwu, a na-ege ya ntị ma werekwa okwu ya mee ihe. Maka na onye dị otu ahụ na-eji ilu were dozie okwu ma mee ka obi dị ma onye ihu ma onye azụ, mma. Ilu na-emekwa ka e gburie okwu toro ogologo, nkenke site n'iwepụta eziokwu dị n'okwu ahụ ma rụtụ aka kpọmkwem n'ihe bụ isi okwu a na-ekwu. Igbo (2012: 197) kọwakwara n'asụsụ bekee sị:

> Ụzọ kacha mma a ga-esi were kọwaa ilu bụ na ọ bụ nkenke okwu na-akọwapụta eziokwu ma na-enyekwa ndụmọdụ. E nwekwara ike ịkọwa ya dị ka okwu ndị a chịkọrọ ọnụ maka iji were na-akọwapụta otu e si ahụta ndụ kwa ụbọchị ọbụla. Ọtụtụ ilu gbadoro ọkpa n'echereọdịnaala, akụkọ ọdịnaala, akụkọ ndịichie, akụkọ mgbeọkpụ, akụkọ akọrọakọ, akụkọ ifo, agwa dị n'akụkọ ifo, akụkọ ifo maka ụmụanụmanụ, dgz, ma bụrụkwa ndị e ji akụkọ ọnụ ọdịnaala were chekwaba. Ụmụ obere akụkọ ndị ahụ nwechara agwa ọma ha na-ezipụta. Ilu amaka n'ihi na ọ bụ ọdị nkenke na-eme ire.

Na ndụ ndị Igbo na kwa asụsụ ha, ilu bara nnukwu uru. E kwube okwu n'ala Igbo, ilu abataghị ya, a mara na okwu ahụ dị mfe n'ihi na ọ dighị omimi. Okwu ọbụla siri ike na ndụ ndị Igbo, ọ bụ ilu ka e ji eme ya ka ọ dị nro ma dịkwuazị ụtọ na ntị ma ju afọ. Igbo (2012: 198) kọwapụtara sị:

> Otu n'ime isi a hụrụ were kwaba okpu n'asụsụ Igbo bụ ilu. Ọ na-enye ya ọnọdụ ọma, nnabata ọma na kwa ụtọ ọma. Ndị Igbo na-ewere onye maara ilu Igbo dịka onye akọnauche zuru ahụ

> niile. Iji ilu were kwuo okwu n'Igbo bụ nke a na-ahụ kwa mgbe n'asụsụ Igbo. E ji ya achọ asụsụ mma, na-emekwa ka okwu onye ji ya ekwu okwu na-aga werewere. Ilu pụtakwara ìhè nke ọma n'omenaala na ọdịnaala ndị Igbo ma bụrụkwa nke na-enye onye ọbụla bụ ezigbo onye Igbo ùgwù na nsọpụrụ ma mee ka ọ na-ebuli nkuubu ya elu. Mgbe ụfọdụ, n'ihi otu ilu Igbo si were dị mma, e ji ya ezi ozi ụfọdụ jupụtara na ndakọrịta, ọgharaokwu, mbụrụ, ntụlekọta maọbụ ndịiche, ụdịrị okwu nkwupụta nkịtị agaghị ezunwu. Onye ọbụla maara atụ ilu bụ onye a na-akwanyere ugwu ma bụrụkwa onye a maara dị ka okwuruọha.

Otu ahụ ndị Igbo ji ilu were na-ekwu okwu ma werekwa na-akọwa onwe ha ka ha sikwa were AKPAALAOKWU were na-ezipụta okwu ha. Akpaalaokwu bụkwa otu n'ime atụmatụ okwu e nwere n'asụsụ Igbo. Ndị Igbo na-ejikwuazị AKPAALAOKWU were na-ahazi ma na-achọ okwu ha, mma. Ha na-eji ya were na-edozikwa okwu n'ụzọ kacha mma. Akpaalaokwu na-emekwa ka okwu dị njọ dị mma, na ntị. Ọ na-eme ka okwu dị ogologo dị nkenke. A na-ejikwa akpaalaokwu were na-amata onye anya ruru ala, onye maara ekwu okwu na kwa onye nwere akọnuuche n'etiti ndị Igbo. Ọ bụ ya kaptara Nwadike (1981: 76) jiri kọwaa na akpaalaokwu *bụ okwu amamihe dị nkenke e ji achọ asụsụ mma*. Nkọwa Nwadike a banyere akpaalaokwu na-egosipụta ma na-arụtụkwa aka na akpaalaokwu bụkwuazị okwu amamihe ma bụrụkwa okwu e ji achọ asụsụ mma, dị ka ilu. Ofomata (2002: 246) na nkọwa nke ya banyere akpaalaokwu mekwara ka a mata sị:

> Akpaalaokwu bụ atụmatụ okwu ndị Igbo ji ekwu okwu ma ọ bụrụ na ha achọghị ka ha

> kpọọ ya bụ okwu, aha kpọmkwem. Akpaalaokwu na-adị n'ime ahịrịokwu. Ọ bụghị okwu a na-aghọta otu ahụ e siri were kwuo ya, maka na ọ bụghị otu ahụ e siri kwuo ya ka nkọwa ya dị. Ọ bụ okwu a na-echemiri echiche ime tupu a ghọta ya. Ọ bụ naanị Ofeke ga-ewere atụmatụ okwu akpaalaokwu otu ahụ o siri nụ ya. Ọ bụ okwu amamihe ndị Igbo. Ọ na-adị na nkeji ahịrịokwu n'ihi na ọ bụghị ahịrịokwu niile na-abụ akpaalaokwu. Ọ bụkwa okwu ọzọ ndị Igbo ji achọ asụsụ ha, mma.

N'ezie, atụmatụ okwu akpaalaokwu bụkwa usorookwu ndị Igbo ji egosipụta amamihe ma werekwa ya na-edozi okwu gbagọrọ agbagọ. Akpaalaokwu na ilu na-arụ otu ụdịrị ọrụ n'asụsụ Igbo, mana ha abụọ abụghị otu n'ihi na nke ọbụla n'ime ha nwere ụzọ o si arụ ọrụ nke ya n'ihi na anụmanụ ọbụla na-akpa n'ọwarị ya. Iji were kọwaa nke ọma otu akpaalaokwu si arụ ọrụ dị ka ilu, n'asụsụ Igbo, Emenanjo (1981: 90) kọwara sị:

> Ebe ilu bụ mmanụ e ji eri okwu, e nwere ike ịsị na akpaalaokwu bụ nnu e ji eri okwu. N'ihi na otu nnu si eme ụtọ nri apụta ihe, otu ahụ ka akpaalaokwu si eme ụtọ okwu ya apụta ihe ma chawapụta achawapụta. Ọzọ kwa, akpaalaokwu na-enye okwu ugwu, mee ya ka ọ dị ụtọ na ntị ma mekwaa ihe a na-ekwu ọ dị omimi karịa… Nghọta dị n'akpaalaowu na-akwụ chịm chịm, a naghị etinye na ya, a naghị ewepụ na ya.

Emenanjo, site na nkọwa a o mere banyere Ilu na Akpaalaokwu gosipụtara n'ụzọ doro anya myiri dị n'etiti Ilu na Akpaalaokwu site n'ịkọwapụta sị 'Ebe ilu bụ mmanụ e ji eri okwu, e nwere ike

ịsị na akpaalaokwu bụ nnu e ji eri okwu.' N'ezie, ọ bụ otu ụgbọ bu Ilu na Akpaalaokwu n'atụmatụ okwu na nka okwu n'asụsụ Igbo. N'ime ha abụọ (Ilu na Akpaalaokwu), o nwere nke ka ibe ya, ma n'iji were na-ekwu okwu, ma na nghọta, ma n'usoro okwu. Kedụ nke ọ bụ n'ime ha abụọ? ILU.

N'ihi nke a, o nwere ndịiche dị n'etiti Ilu na Akpaalaokwu. Ilu karịrị Akpaalaokwu, n'ihi na n'ime ha abụọ o nwere nke karịrị ibe ya na nghọta. Iji were mee ka nghọta a doo anya nke ọma, o kwesịrị ka a kọwapụta ndịiche dị na ha abụọ nke ọma iji were mata ka nke ọbụla n'ime ha siri kwụrụ. Ọkpụrụkpụ ndịiche dị n'etiti ILU na AKPAALAOKWU bụ na Akpaalaokwu bụ atụmatụ okwu kpọmkwem, mana Ilu bụ atụmatụ agụmagụ. Emenanjọ (1989: 61) kọwapụtkwara na 'akpaalaokwu na atụmatụ okwu na-agakọrịta mgbe niile' N'ihi ya, mgbe ọbụla e kwuru maka akpaalaokwu, a marala na ọ bụ atụmatụ okwu ka a na-ekwu maka ya. Nwadike (1992: 114) mekwara ka a mata na 'atụmatụ okwu bụ ụmụ iriiri nkaokwu ndị a na-ewebata n'asụsụ iji chọọ ihe a na-ekwu mma' Ezema (2012: 95) n'aka nke ya kọwakwara na 'atụmatụ okwu bụ okwu dị iche iche ndị ọkaokwu na ndị odee ji achọ okwu ha na-ekwu maọbụ edemede ha mma… Atụmatụ okwu n'aka nke ya bụ atụmatụ dị ka: akpaalaokwu…' Ofomata (2002: 246) kọwakwara ma rụtụkwa aka na 'akpaalaokwu bụ atụmatụ okwu ndị Igbo ji ekwu okwu ma ọ bụrụ na ha achọghị ka ha kpọọ okwu aha kpọmkwem.' Oraka (1985: 104) na nkọwa nke ha banyere akpaalaokwu mere ka a ghọta na Akpaalaokwu bụ otu n'ime atụmatụ okwu asụsụ ji enwe ugwu, mmasị na nsọpụrụ ma sụrụkwa gedee dịka asụsụ kpọrọ akpọ. A na-ezipụtakwa ya n'ụdị ahịrịokwu. Ofomata (2007: 158) dere ma kọwapụta sị:

> N'ezie, akpaalaokwu bụ otu n'ime ọkpụrụkpụ atụmatụ okwu ndị Igbo nwere. Akpaalaokwu na-adị omimi na nghọta. Ọ na-adị na nkenke

> okwu. Mana nkọwa ya na-ata nwantakịrị akpụ. Akpaalaokwu bụ ụzọ pụrụ iche ma dịkwa omimi ndị Igbo ji ezipụta ebumnuuche ha n'okwu. Onye anaghị eleru anya ala anaghị aghọta akpaalaokwu. Ọ gaghịkwa akọwanwu akpaalaokwu. Akpaalaokwu bụ okwu amamihe. Aha akpaalaokwu na bekee bụ *Idiom*. Akpaalaokwu bụ atụmatụ okwu ndị Igbo ji achọ okwu ha mma.

Ọ bụ eziokwu na ilu na akpaalaokwu bụcha okwunka n'asụsụ Igbo, mana ha abụọ nwechara ụzọ na kwa otu e si eji ha were na-emebe okwu n'asụsụ Igbo. Ọ bụghị otu e siri tụọ ilu n'asụsụ Igbo ka a ga-esikwa were wepụta maọbụ gosipụta akpaalaokwu n'asụsụ Igbo. Ọ bụ site n'otu ha abụọ si aga ozi n'asụsụ Igbo na kwa usoro dị iche iche ha na-agbaso n'ọrụ ha na kwa n'iga ozi ha n'asụsụ Igbo kpatara e jiri were na-akọwa ma na-ahụtakwa akpaalaokwu dị ka atụmatụ okwu ebe ilu bụ atụmatụ agụmagụ. Okebalama (2003: 91) na nkọwa ya banyere echiche dị otu a n'akwụkwọ ya depụtara sị:

> Agụmagụ ọnụ anyị kpọrọ obere agụmagụ ọnụ bụ ndị na-abụghị akụkọ, abụ na ejije. Agụmagụ ọnụ ndị a bụ Ilu…Ilu bụ owere ahụ n'ihi na ọ na-adị na-adasị n'ọnụ ndị Igbo n'oge ọbụla, n'ọnọdụ ọbụla, n'ihi n'ime ha maọbụ n'ime ahụ ha ka ọ mịrị ka mkpụrụ osisi. Ilu bụ ngwa ọrụ echiche n'ihi na ụdị echiche e ji ewube ilu dị egwu.

Ezema (2012: 96) kọwakwara na 'Atụmatụ agụmagụ bụkwa ndị ahụ Ndịigbo ji achọ ekwumekwu maọbụ edemede mma. Ụfọdụ n'ime ha na-abịa dị ka obere akụkọ. Ọmụma atụ ihe dịgasị n'ime

atụmatụ agụmagụ bụ ndị a: Ilu…, Ofomata (2011: 97) na nkọwa ya banyere ilu, dere sị:

> Ilu bụ okwu nwere nghọta miri emi ma jupụtakwa n'amamihe. Ọ bụ mmanụ ndị Igbo ji eri okwu. Ọ bụ ndị okenye na ndị maara ihe ekwe na-akụ n'ịsụpụ asụsụ Igbo, na-atụkanarị ilu okwu ma ha na-ekwu okwu. Ndị Igbo sị na onye sịrị ha atụla ilu sịrị ha ekwula okwu. Ilu na-eme ka okwu a na-ekwu tọọ ụtọ na ntị, nwee ebube ma dịkwa omimi. A tụọ ilu, ọ gbaa ofeke gharịị. Ọ bụ nke a kpatara na nwaafọ Igbo ọbụla ga-akawa ahụ mụọ ilu Igbo ma marakwa na-atụ ya.

N'ihi uru ilu bara n'asụsụ Igbo kpatara ederede ahụ e depụtara n'elu ji were na-akọwa na 'Ndị Igbo si na onye sịrị ha atụla ilu sịrị ha ekwula okwu.' Emenanjo (2008: 7) n'ederede ya banyere ilu dekwara sị:

> Ilu ọbụla bụ otu ahịrịokwu doro anya. O nwere ike ịdị nkenke maọbụ too ogologo. O nwekwara ike ịbụ ahịrịndọkọ, ahịrịmfe maọbụ ahịrịmgbagwo. Mana nke kacha were dị mkpa bụ na ilu bụ okwu a chịkọrọ ọtụtụ ihe ọnụ nke na-egosipụta ka ndụ dị. Ilu bụ omenaala. Ọ bụ nke a kpatara nkọwa ya niile jiri gbado ụkwụ n'ụwa ụmụanụmanụ, osisi na kwa gburugburu ebe ha dị, ihe ndị a na-ahụ anya na ihe ndị a naghị ahụ anya ndị nke gụnyere ihe tarala nchara na ihe ndị sirila n'ụwa were pụọ, akụkọ akọrọakọ, akụkọ mgbeọkpụ, nkwenye, ụjọ, nchekwube na olileanya n'omenaala iji were gosipụta otu ụwa dị.

O kwesịrị ka a mata na ọ bụ otu ahụ e siri were ilu n'asụsụ Igbo ka e sikwuazị na-ewere akpaalaokwu dị ka otu n'ime ọkpụrụkpụ atụmatụ okwu e nwere n'asụsụ Igbo. Ọ bụ ezigbo echiche na nkwenye dị otu a kpatara Ofomata (2007: 104) jiri kọwaa na 'akpaalaokwu bụkwa atumatụ okwu nka ọzọ ndị Igbo ji achọ asụsụ ha mma.' Na nchịkọta, Ogbalu (1974: 141) na ntụle ya banyere Ilu na akpaalaokwu dere sị:

> Ilu na akpaalaokwu dị ezigbo mkpa n'iji were na-akọwapụta okwu Igbo. Ọ bụkwa site n'ịtụ ilu na ikwu akpaalaokwu ka asụsụ Igbo si eto ma na-aga n'ihu. Onye ọbụla na-atụ ilu ma na-ekwu akpaalaokwu mgbe ọbụla bụ onye a maara dị ka onye nwere akọnauche ma bụrụkwa onye asụsụ Igbo na-erubere isi. A na-emebe ilu kwa ụbọchị. Ụdịrị ọnatarachi dị otu a bụ imebe ilu gbadoro ọkpa n'otu onye na-atụ ilu si were bụrụ akpa ilu n'onwe ya, ihe ndị ọ na-ahụ na kwa nleruanya ala ya na kwa ụzọ ọ maara nke ọma o si ewepụta ilu. Ọ bụkwa otu ahụ ka o siri dị n'ebe akpaalaokwu dị.

N'ala Igbo, e nwere ọtụtụ atụmatụ okwu akpaalaokwu na imirikiti atụmatụ agụmagụ ilu. Ha juru eju ma bara abara. Mana o kwesịkwara ka anyị mata na ọtụtụ akpaalaokwu na ilu e nwere ugbua, ma ndị nke e depụtarala n'akwụkwọ na kwa ndị nke a na-ekwukanarị n'ọnụ bụ ndị nke nnanna anyị wepụtara ma hazie. Mana, anyị kwesịrị ịma na ka anyị na-amụbawanye, na-eto, na a na-enwe atụmatụ okwu na atụmatụ agụmagụ ọhụrụ, ndị nke ndị be anyị bụ ndị Igbo na-amaghị na ha dị n'ihi nleliạnya anyị lelịrị asụsụ anyị bụ asụsụ Igbo na kwa ejighị ya were kpọrọ ihe (Asụsụ Igbo). Asụsụ ọbụla na-eto eto. Asụsụ Igbo sokwa eto eto n'ihi na ọ bụkwa nnukwu asụsụ ndị Igbo nwere ma na-asụ. E nwere ọtụtụ atụmatụ okwu akpaalaokwu pụtachara ọhụrụ n'ọgbọ ugbua, ndị

nke kwesịrị ka a mata ha ma detuokwa ha n'akwụkwọ. Idetu ha n'akwụkwọ ga-enyere aka n'ime ka ihe ọmụmụ anyị na mmụta anyị banyere atụmatụ okwu akpaalaokwu na-aga n'ihu ma na-etowanye n'ogologo.

N'ezie, ilu na akpaalaokwu dị ezigbo mkpa n'asụsụ Igbo maka na o nweghị mgbe ọbụla a na-asụ asụsụ Igbo were hapụ iji ha kwuo okwu maọbụ mee okwu.

Isi Nke Irinanọ

MYIRI DỊ N'ETITI ILU NA AKPAALAOKWU

N'ezie, ilu na akpaalaokwu yiri onwe ha. Ha abụọ na-arụkwa otu ụdịrị ọrụ n'asụsụ Igbo, n'ihi na ha bụcha okwu amamihe ndị Igbo ji achọ asụsụ ha mma. Ha abụọ (ilu na akpaalaokwu) yiri apụtaghị na ha abụọ bụ otu. Ha abụghị otu ihe. Nnukwu ihe dị iche dị n'etiti ha abụọ. Ma ilu, ma akpaalaokwu, nke ọbụla n'ime ha nwechara otu e si eji ya were na-ekwu okwu. Site na nkọwa niile ahụ a kọwapụtara banyere Ilu na Akpaalaokwu, a ga-aghọta n'ezie na ilu bụ atụmatụ agụmagụ dị ka e siri zipụta; akpaalaokwu bụrụ atụmatụ okwu kpọmkwem dị ka e siri kọwapụta. Mana, ha abụọ bụchakwa okwu nka n'asụsụ Igbo n'ihi na ọ bụ otu nne ji ha n'okwu amamihe ndị Igbo. Na mkpọkọta Fabunmi (2007: 812) dere sị:

> Ilu na akpaalaokwu na-akọwapụta n'ụzọ pụrụ iche usoro omenaala ndị mmadụ si ebi ndụ ha, ụzọ kacha mma ha kwesịrị isi were na-eme ihe, usoro ndụ ha na kwa ịdọ aka na ntị, na kwa iwu obodo na akọnauche nke ndị okenye chọrọ ka ndị na-etolite etolite mara maka ha.

N'ihi nke a, ọ bụ site n'ilu na akpaalaokwu Igbo ka ndị Igbo ji akọwapụta onwe ha, ọnọdụ ha na ndụ ha. Ilu na akpalaaokwu yiri nke ọma ma na-arụkwa ọrụ ka atụmatụ okwu n'asụsụ Igbo. Ha abụọ bụcha okwunka n'asụsụ Igbo. Nke ọbụla n'ime ha abụọ bụcha okwu miri emi ndị Igbo ji achọ asụsụ ha mma. N'ezie, a ga-asị na ilu na akpaalaokwu bụ ụmụnne n'ihi otu ha siri yie onwe ha n'atụmatụ okwu Igbo. Mana, ọ pụtaghị na o nweghị ndịiche dị n'etiti ha abụọ. Ọrụ Ilu na Akpaalaokwu na-arụ n'asụsụ Igbo dị ukwu ma dịkwuazị nnukwu mkpa n'ihi na ọ bụ

kpụkpando ka eluigwe jiri dị ebube. Ogbalu (1974: 140) na nkọwa ya banyere myiri Ilu na Akpaalaokwu mere ka a mata na:

> Ọ dị ka ọ bụ naanị n'asụsụ Igbo ka ilu kacha akpa ike. A na-atụ ilu were na-ekwu na 'Ilu bụ mmanụ eji eri okwu.' Ọ bụ ya ka o jiri dị mma ka anyị kpọọ ihe ọbụla gbasara ilu mkpa ma hapụ iji ya gwurie egwu… Asụsụ Igbo jupụtara n'akpaalaokwu. N'asụsụ ebe okwu na-akọwa ọtụtụ ihe, ebe ndebeolu na-ezipụta ndịiche, akpaalaokwu na-arụ ọrụ pụrụ iche. O nweghị ezigbo edemede ọbụla e dere a na-achọ akpaalaokwu achọ na ya. N'ezie, ọ hịara ezigbo ahụ ide asụsụ Igbo ma hapụ itinye ya akpaalaokwu.

Site na nkọwa a, Ogbalu emeela ka o doo anya na ọ bụ otu ahụ Ilu siri dị mkpa n'asụsụ Igbo ka atụmatụ okwu Akpaalaokwu sịkwa were dị mkpa n'asụsụ Igbo. N'ihi ya, otu ahụ Ilu si wee bụrụ okwu nka n'asụsụ Igbo ka Akpalaaokwu sịkwa wee bụrụ okwu nka n'asụsụ Igbo. Onye Igbo ọbụla maara ekwu okwu anaghị ahapụ iwebata ha n'okwu n'ihi na ụtụ bụ nri enwe. Onwu (2006: 63) na nkọwa ya banyere myiri dị n'etiti Akpaalaokwu na Ilu kọwara sị:

> Akpaalaokwu dị ka ilu. Ha na-eme ka okwu tọọ ụtọ. Akpaalaokwu bụ ihe e jiri mara ndị obodo nke nghọta ya na-adị iche n'otu e siri kwuo ya. Ha na-eme ka ihe a na-ede maa mma site n'ụdịrị ha si achọ okwu mma.

Ọ bụghịkwa naanị n'ederede ka ilu na akpaalaokwu na-akpa ike ọma n'asụsụ Igbo. Ka ha si eme ire n'okwu ọnụ n'asụsụ Igbo bụ nke enweghị atụ.

Myiri ọzọ pụtara ìhè nke ọma n'etiti Ilu na Akpaalaokwu bụ na ha abụọ na-adịcha omimi na nghọta n'ihi na ọ bụghị otu ahụ e siri kwuo ha maọbụ dee ha ka nghọta ha na-adị. Nghọta ilu na akpaalaokwu na-adị n'ime okwu e jiri ha kwuo. Ezeomeke (1999: 180) kwenyekwara na nke a site n'ịkọwapụta sị:

> Dị ka ilu ji bụrụ mmanụ ndị Igbo ji eri okwu, otu ahụ ka akpaalaokwu si bụrụ nnu ndị Igbo ji eri okwu. Akpaalaokwu bụ okwu miri emi a na-etinye n'okwu iji mee ka ọ maa mma, tọọ ụtọ, sie ike ma nwee ndụ zuru ezu. Akpaalaokwu dị n'asụsụ Igbo abaka. Onye Igbo ọbụla na-eji akpaalaokwu ekwu okwu kwa ụbọchị … Nghọta akpaalaokwu adighị ofele dị ka otu e si ahụ ya. Nghọta ya miri emi.

Ogbalu (1974: 141) na nkọwa nke ya banyere omimi nghọta dị n'akpaalaokwu na-adị dị ka ilu dere ma rụtụ aka sị:

> O nwere ihe kpatara o ji ahịa onye abụghị onye Igbo ahụ n'ịmụta Igbo. A na-eji otu ụdịrị mkpụrụokwu were kwupụta ọtụtụ okwu akpaalaokwu n'ụzọ dịgasị iche iche. Iji maa atụ, e nwere ike iji mkpụrụokwu a bụ 'ụkwụ' were wepụta ọtụtụ okwu akpaalaokwu dị ka e siri kọwapụta ha na nkebiokwu ndị a:
>
> Ibi ụkwụ ije (to save time)
> Ụkwụ ịdị mma (to be lucky)
> Ezi ụkwụ ịkpọ mmadụ (to be fortunate)
> Ajọ ụkwụ (to have ill-luck)
> Ụkwụ ọma (to be well favaoured or fortunate)

Myiri ọzọ dịkwa n'etiti Ilu na Akpaalaokwu bụ na ha abụọ bụcha atụmatụ okwu ndị Igbo ji achọ asụsụ ha mma. Okwu Igbo ọbụla jupụtara n'ilu na akpaalaokwu na-atọ ụtọ na ntị, kaa aka ma kwụrụkwa chịm. Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji ahụta onye ọbụla maara ilu na akpaalaokwu nke ọma ma werekwa ha na-ekwu n'ụzọ kacha mma dị ka ọkaokwu. Ofomata (2000: 39) kọwakwara sị:

> Ndị Igbo sikwa na nghọta akpaalaokwu amata onye maara ihe. Onye ọbụla na-anụ ma ọ bụ na-asụ Igbo mana ọ naghị aghọta akpaalaokwu anaghị ama mgbe e gburu ehi ma kechaa anụ ya. Nka okwu akpaalaokwu na-achọ okwu mma site n'echiche miri emi nke ọ na-ezipụta. Onye anaghị aghọta akpaalaokwu anaghị amata mgbe a malitere na kwa mgbe a kwụsịrị n'okwu. Ndị Igbo na-eji akpaalaokwu eme ka okwu dị mma ọnụnụ na ntị ma e kwuo ya. Iji were kọwaa ihe a kọrọ maka ya banyere akpaalaokwu, a ga-edepụta ihe ịmaatụ. Ọ bụrụ na onye Igbo chọọ ikwu: *'Ọ dị ime'* n'akpalaaokwu, ọ sị *'Ọ dị ahụ naabọ.'*

Ebe ọzọ kwa Ilu na Akpaalaokwu nọ were yie nke ọma n'asụsụ Igbo bụ na ha abụọ bụcha atụmatụ okwu ndị maara ekwu okwu ji akọwapụta onwe ha, echiche ha na kwa otu okwu si wee kwụrụ, nke ọma n'asụsụ Igbo. Iji were kọwaa nke a nke ọma, Ofomata (2011: 53) kọwara na 'Ilu bụ okwu amamihe ndị Igbo ji akọwa onwe ha. Ndị Igbo ji ilu okwu were na-amata onye amamihe ya kwụ chịm. Onye na-aghọtakwanụ ilu ma a tụọ ya bụ onye uche ya ruru ala.' Ofomata (2000: 39) kọwakwara na 'Akpaalaokwu bụ okwu amamihe nke na-adị na nkenke okwu. Ọ bụ okwu nke ndị Igbo ji akọwa ihe ma ọ bụrụ na ha achọghị ka ha kpọpụta ihe ahụ ma ọ bụ kwụpụta ihe ahụ gbowam.'

Myiri ọzọ dịkwa n'etiti ilu na apaalaokwu bụ na ilu na akpaalaokwu anaghị ahọ mmadụ. Ma okenye, ma nwata, onye ọbụla n'ala Igbo kwesịrị ịma ilu Igbo, mara atụ ilu ma marakwa ka e si eji ilu ekwu okwu n'asụsụ Igbo. Nwadike (2009: 25) kọwakwara na ikwuputa okwu nka ilu abụghị naanị ndị okenye ka ọ bụ nke ha… Ofomata (2010: 161) mekwara ka a mata:

> Onye ọbụla na-amụ asụsụ na omenaala Igbo kwesịrị ịmụta ilu nke ọma n'agbanyeghị Mba onye ahụ si, ka ọ ghara iso na ndị a na-ewere dị ka ọbịara n'izu amaghị okwu. Ndị Igbo tụrụ ilu sị na ọ bụrụ na nwatakịrị mụta akwa nnụnụ, ọ gbaa mbọ mụtakwuo ufe ya. N'ihi ya, ọ bụrụ na ị mụtala ka e si asụ ma ka e si ede asụsụ na omenaala Igbo, ị ga-agba mbọ mụtakwuo nke ọma otu e si atụ ilu na otu e si akọwa ya. Maka na asụsụ Igbo e wepụrụ ilu na ya (ilu adịghị na ya) dị ka mmanụ e wepụrụ nnu na ya (mmanụ, nnu adịghị na ya)

Ogbalu (1974: 141) na nkọwa ya banyere ịtụ ilu na ịghọta ilu bụ nke kwesịrị ka onye Igbo ọbụla mata, ka onye ọbụla na-amụ asụsụ Igbo na kwa onye na-asụ asụsụ Igbo mụta, dere sị:

> Ịghọta ilu Igbo nke ọma na-enyere aka n'ụzọ pụrụ iche ịghọta onye Igbo, nkwenye ya banyere ndụ, ọdịnaala ya, omenaala ya na usoro o si ebi ndụ maka na ọ bụ n'ime ihe ndị a ka mmụta, akọnauche, ekpemekpe, nkwenye, ahụmihe na nhụrụnandụ onye Igbo kemgbe ụwa malitere, hidoro isi.

Ofomata (2004: 175) gakwara n'ihu kọwaa na o kwesịrị ka onye ọbụla bụ nwaamaala Igbo, ma onye ọbụla na-amụ asụsụ na omenaala Igbo mụta nke ọma ihe bụ akpaalaokwu na otu e si eji ya ekwu okwu n'asụsụ Igbo. Ilu na Akpaalaokwu bụcha atụmatụ okwu dị elu n'asụsụ Igbo ma bụrụkwa nke onye ọbụla na-asụ maọbụ na-amụ asụsụ Igbo kwesịrị ịmụta.

Ndị Igbo sị na ọ na-abụ a kọwaruo, a ghọtaruo. Ọ ga-abụ ihe magburu onwe ya na mma ma ọ bụrụ na e depụta ọkpụrụkpụ ihe ndị ahụ na-egosipụta myiri dị n'etiti ILU na AKPAALAOKWU n'usoro ịbọnịbọ kwụrụ. Ihe nke a na-akọwa bụ iwepụta ha (Myiri dị n'Ilu na Akpaalaokwu), site na nsepụta nke teburu.

Myiri Dị N'ilu Na Akpaalaokwu

	Ilu	**Akpaalaokwu**
1.	Ilu bụ otu n'ime ọkpụrụkpụ atụmatụ okwu ndị Igbo ji achọ asụsụ ha mma. N'ihi ya, ilu bụ okwu nka nke ndị Igbo ji eme ka asụsụ ha dị ụtọ, mie emi n'akọnauche ma kwụrụkwa chịm na nghọta.	Akpaalaokwu sokwa n'otu n'ime atụmatụ okwu dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo. Otu ahụ ilu si were bụrụ okwu nka n'asụsụ Igbo ka akpaalaokwu sikwa were bụrụkwa okwu nka
2.	E ji ilu ahazi okwu n'asụsụ Igbo. Ilu na-eme ka okwu kwụrụ ọtọ ma dazie adazi na ntị. Ọ bụrụ na okwu sie ike maọbụ dị njọ, ọ bụ ilu ka a ga-eji mee ka okwu dị nro ma dịkwa ụtọ na ntị.	E jikwa Akpaalaokwu were na-eme ka okwu kwụzie akwụzi ma doo anya n'asụsụ Igbo. N'ihi ya, otu ahụ e si were ilu were na-ahazi okwu Igbo ka e sikwuazị eji akpaalaokwu were na-ahazi okwu Igbo. Maka na okwu ọbụla a na-ekwu

		were na-ewebata ya ilu na akpaalaokwu na-abụ okwu tụrụ nnu ma ghee eghe.
3.	O nweghị onye ga-akọwa kpọmkwem mgbe ilu malitere. N'ihi ya, a ga-asị na ilu malitere mgbe asụsụ Igbo malitere. Maka na asụsụ Igbo bụ ilu, ilu bụrụ asụsụ Igbo.	A ga-asịkwuazị na ọ bụkwuazị mgbe asụsụ Igbo malitere ka a malitere kwuwe akpaalaokwu. Maka na akpaalaokwu sokwuazị n'okwu ɲkà so were mee ka asụsụ Igbo bụrụ ịgba.
4.	A na-akọwa ilu akọwa. Ilu Igbo na-abụ okwu dị omimi nke ọ bụ site na nkọwa ya ka e si aghọta ya. Ọ bụ okwu echiche miri emi nke na-adị n'ahịrịokwu. Ihe e jikwanụ akọwa ilu akọwa bụ na ọ bụghị ihe e kwuru bụ ilu bụ nghọta ya n'ihi na nghọta ya dị n'ime nkọwa ya.	Ọ bụ otu ahụ e si akọwa ilu ma a tụọ ya ka e sikwa aghọta akpaalaokwu ma e kwuo ya. Akpalaokwu na-enwekwuazị nghọta dị omimi n'ihi na ọ bụghị otu ahụ e siri kwuo ya ka nghọta ya siri dị. Ọ bụ site na nkọwa ya ka e si amata ihe ọ na-ekwu maka ya.
5.	Ilu na-egosiputa onye nwere echiche miri emi n'asụsụ Igbo. Site n'ịtụ ilu Igbo nke ọma ka e si amata onye nwere akọnauche nakwa amamihe kwụ chịm n'asụsụ na omenaala Igbo. Ilu Igbo na-egosipụtakwa onye anya ruru ala nke ọma n'asụsụ	E ji akpaalaokwu ama onye nwere ezigbo akọnauche n'asụsụ Igbo. Onye ọbụla anya erughị ala nke ọma n'asụsụ Igbo agaghị ejinwu akpaalaokwu were na-eme okwu n'asụsụ Igbo. Otu ahụ ilu si egosipụta onye nwere uche n'asụsụ Igbo ka akpaalaokwu sikwa eme

	Igbo na kwa n'omenaala Igbo.	ka a mata onye maara ihe okwu nyere n'asụsụ Igbo.
6.	Ilu na-adị n'usoro. A na-ahazi ilu ahazi. Ọ bụghị okwu niile bụ ilu. Ilu na-akwụpụta n'ụzọ echiche miri emi ma dịkwa n'usoro onye na-atụ ya siri hazie ya nke ọma. Ilu na-adị n'ahịrịokwu. Malite na mmalite mkpụrụokwu dị n'ahịrịilu were ruo na mkpụrụokwu jedebere n'ahịrịilu, ma nghọta ma mkpụrụokwu dị na ya, na-adị otu ha kwesịrị ịdị.	Ọ bụghị okwu niile e kwuru bụ akpaalaokwu. O nwekwara ihe mere okwu akpaalaokwu ji wee bụrụ okwu akpaalaokwu. A na-ahazikwa okwu akpaalaokwu ahazi tupu e kwuwe ya. Ọ bụ site na nhazi ahụ ka o si were na-adaba n'usoro ma bụrụkwa okwu na-aga n'usoro n'usoro.
7.	N'ala Igbo na kwa n'asụsụ Igbo, e ji ilu amata onye maara ekwu okwu nke ọma. A na-ahụtakwa onye maara atụ ilu nke ọma ma na-etinyekwa ilu nke ọma n'okwu ma ọ na-ekwu okwu dị ka 'Okwuruọha'. Onye ọbụla ilu na-aga werewere n'ọnụ na-abụkwa onye ịsụ asụsụ Igbo na-ejere ozi.	Onye ọbụla ji akpaalaokwu were na-akọwapụta onwe ya n'okwu ma werekwa ya na-ekwu okwu nke ọma na-abụ onye a na-ahụta dị ka onye ịsụ asụsụ Igbo doro anya nke ọma. Ụdịrị onye ahụ bụkwa onye a na-ahụta dị ka onye maara ekwu okwu n'asụsụ Igbo.
8.	Ọ bụ mmụta ka a na-amụta ilu. O nweghị onye Igbo maọbụ onye na-asụ asụsụ Igbo, a mụrụ ya na	Ọ bụkwa mmụta ka a na-amụta akpaalaokwu dịka otu ahụ e si amụta ilu. Ọ bụkwa onye nwere anya

	ilu. Ọ bụ site n'ige ntị nke ọma na kwa ileru anya ala nke ọma na gburugburu na kwa ihe na-eme na ndụ ka e si amụta ma na-amatakwa ilu.	nka na-amụta akpaalaokwu. O nweghị onye ọ bụ ụbọchị a mụrụ ya ka a mụrụ akpaalaokwu. Onye ọbụla ga-amụta akpaalaokwu ga-abụrịrị onye na-anọdebe ndị maara akpaalaokwu nso maka na ọ bụ onye tọọ ntị n'ala, ọ nụ ugheri danda.
9.	Ilu na-enwe nghọta abụọ. Ọ na-enwe nghọta elu elu na nghọta ime ime. Nghọta elu elu bụ nghọta ilu na-ezipụta site n'otu e siri chịkọba ya ma hazie ya. Mana nghọta ime ime ya bụ nghọta nke a na-enweta ma wepụta site na nkọwa ilu ahụ.	Akpaalaokwu na-enwekwuazị nghọta abụọ dị ka ilu. Ọ na-enwekwa nghọta elu elu na kwa nghọta ime ime. Otu e siri kwuo akpaalaokwu nwere nghọta ya. Otu e sikwanụ were kọwaa ya nwekwara nghọta nke ya.
10.	Ilu Igbo abụghị maka ofeke. Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji atụ ilu were na-asị na ofeke amaghị mgbe e kere nkụ ụkwa. Ofeke bụ onye amaghị ihe ekwe na-akụ na nghọta na mmụta nke ndụ. N'ihi ya, ndị Igbo na-ahụta ụdịrị onye dị otu a dị ka onye amaghị ihe. Ọ bụ onye maara ihe nke ọma na-atụ ilu ma na-aghọtakwa ilu Igbo.	Onye anaghị echeru echiche ala anaghị ejinwu akpaalaokwu were na-ekwu okwu. Udịrị onye dị otu ahụ anaghịkwa aghọta akpaalaokwu. N'ihi ya, akpaalaokwu abụghị maka ofeke. Ọ bụ maka onye maara ihe ekwe na-akụ n'asụsụ na omenaala Igbo.

11.	Ndị Igbo na-eji ihe mere ha na ndụ, gburugburu ha, ihe ha hụrụ, ọnọdụ ụwa, mmekọrịta mmadụ na ibe ya, echiche miri emi, akparamagwa, ije ha na ndụ, dgz were na-emebe ilu. Ọ bụ site n'ihe niile gbasara ndụ ha na kwa ụwa ha nọ na ya ka ha si ahazi, ewube ma na-enweta ilu.	Akpaalaokwu ndị Igbo bụkwa site n'ụwa ha nọ na ya, gburugburu ha, amamihe ha, nghọta ha ma tinyekwara ihe niile banyere ndụ ha ka e si emebe ma na-enweta ha. Ọ bụkwa otu ahụ ndị Igbo si were mebe, wube ma na-enweta ilu ka ha sikwuazị ahazi, emebe, ewube ma na-enwetakwa akpaalaokwu.
12.	Ilu bụ maka onye Igbo ọbụla. Ilu anaghị ahọ onye ga-atụ ya maọbụ onye ga-akọwa ya. Ilu bụ maka onye ọbụla na-asụ asụsụ Igbo maara ya, mara ka e si atụ ya ma marakwa nkọwa ya. Ilu abụghị nke okenye maọbụ nke nwata, maọbụ nke nwoke maọbụ nke nwaanyị. Ilu bụ nke onye ghọtara ya ma mara ya.	Onye ọbụla maara akpaalaokwu bụkwa onye ga-eji ya were kwuo okwu maọbụ were na-ekwu okwu. O nweghị onye, òtù, maọbụ ndị, e doweere akpaalaokwu iche. Akpaalaokwu bụ maka onye maọbụ ndị maara ya, dị ka o siri dị n'ilu Igbo.
13.	Nghọta na-adị n'ilu na-adị omimi. Ọ bụghị otu ahụ e siri tụọ ilu ka nghọta ya dị. Nghọta ya dị n'ime ya. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpatara e ji akọwa ilu akọwa iji were wepụta nghọta dị ya	Nghọta akpaalaokwu na-adịkwuazị omimi. Ọ bụghị otu ahụ e siri hụ akpaalaokwu maọbụ kwuo ya ka nghọta ya siri dị. Nghọta akpaalaokwu na-adị n'ime ya. Ọ bụ a kọwaa akpaalaokwu,

	n'ime. Ọ bụ nghọta ahụ dị n'ime ilu ka e ji were tụọ ilu. N'ihi na ilu ọbụla a tụrụ nwere ihe e bu n'uche were tụọ ya.	nghọta dị n'ime ya apụta ìhè. Ọ bụ otu ahụ nghọta ilu si were dị omimi ka nghọta akpaalaokwu sikwa dị omimi.
14.	E ji ilu amata onye anya ruru ala nke ọma n'asụsụ na omenaala Igbo. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka ndị Igbo ji atụ ilu were na-asị na onye a tụọrụ ilu were kọwaara ya mara na ego e jiri lụta nne ya lara n'iyi. Onye anya ya ko n'elu abụghị onye ga-amatanwu ilu maọbụ maara tụọ ilu. Ụdịrị onye dị otu ahụ anaghịkwa aghọta ilu ma a tụọ ya.	Ọ bụkwa onye anya ruru ala na-ama okwu bụ okwu akpaalaokwu ma bụrụkwa onye na-aghọta akpaalaokwu. N'ihi ya, ọ bụ onye nwere anya nka na-aghọta akpaalaokwu ma werekwa ya na-eme okwu.
15.	Ilu bụ ngwugwu okwu. A tọghee ya bụ ngwugwu okwu, a hụ okwu dị n'ime ya. Ngwugwu (parcel) nwere ihe e kechiri n'ime ya. Ọ bụ mgbe a tọghere ngwugwu ka e ji amata ihe dị n'ime ya, ya bụ ihe e kechiri n'ime ya. Otu ahụ ka o siri dị n'ebe ilu dị. Ilu jupụtara na nghọta dị n'ime. Ọ bụ a kọwawa ya, e were nwee ike ghọta ihe ndị ahụ ọ na-ekwu maka ya.	Akpaalaokwu bụkwuazị ngwugwu okwu. Akpaalaokwu ọbụla nwere ihe ọ na-akọwa. Ọ bụghị otu ahụ e siri kwuo ya maọbụ otu e siri hụ ya ka nkọwa ya siri dị. O nwere nkọwa dị akpaalaokwu ọbụla n'ime. Mana, tupu a mata nkọwa dị n'ime akpaalaokwu, a ga-atọrịrị ngwugwu akpaalaokwu tupu a mata ihe dị n'ime ya bụ ngwugwu.

Isi Nke Irinaise

NDỊICHE DỊ N'ETITI ILU NA AKPAALAOKWU

Ọ bụ eziokwu na Ilu na Akpaalaokwu bụcha okwu nka na atụmatụ okwu n'asụsụ Igbo, mana ha abụọ abụghị otu ihe. O nwere otu ha siri dịchaa iche n'ime onwe ha. Ilu nwere ihe mere o jiri bụrụ ilu ma nwekwaa ihe o jiri dị iche n'akpaalaokwu. Akpaalaokwu na aka nke ọzọ bụ akpaalaokwu, ọ bụghị Ilu. O nwekwaranụ ụzọ dị iche iche Akpaalaokwu si were dị iche n'Ilu. Ma Ilu, ma akpaalaokwu, ha abụọ na-arụ ezigbo ọrụ dị ka atụmatụ okwu n'asụsụ Igbo ma na o kwesịrị ka a mata otu ha siri dị iche n'etiti onwe ha. Ofomata (2000: 39) na nkọwa ya banyere ndịiche dị n'etiti Ilu na Akpaalaokwu dere ma kọwapụta sị:

> Ọ bụ eziokwu na akpaalaokwu bụ okwu nka dịka ilu si were bụrụ mana ya na ilu abughị otu ihe. Akpaalaokwu dị iche n'ilu. Ọ bụghị otu e si ekwupụta ilu ka e si ekwupụta akpaalaokwu. Ụzọ e si atụ ilu dị iche n'ụzọ e si ekwu akpaalaokwu, ọ bụ ya kpatara e ji asị na ọ bụ ọtụtụ ka a na-atụ ilu (ịtụ ilu). A naghị atụ akpaalaokwu atụ. Ọ bụ okwukwu ka a na-ekwu ya. Ndịiche ọzọ kwa bụ na ebe ọ bụ na ilu na-adị n'ogologo okwu, akpaalaokwu n'onwe ya na-adị na nkenke okwu. Ahịrịokwu ilu na-etokanarị ahịrịokwu akpaalaokwu n'ogologo. Ọ bụghịkwa otu e si akọwa ilu ka e si akọwa akpaalaokwu. Ụzọ a na-agbaso na nkọwa ha na-adịcha iche. Akpaalaokwu na-adị n'ime ahịrịokwu mana ahịrịokwu niile na-abụ ilu, ilu niile na-abụkwuazị ahịrịokwu. Nkọwa ilu na-esi ike karịa nkọwa akpaalaokwu. Onye

> enweghị nghọta banyere ilu agaghị akọwanwu ilu. Mana, onye amaghị maka akpaalaokwu nwere ike isi n'ahịrịokwu ọ dị na ya were kọwaa ya.

Site na nkọwa a na ndepụta a nke Ofomata mere banyere ndịiche dị n'etiti ilu na akpaalaokwu, ọ ga-enyere aka n'ụzọ pụrụ iche ịmata na o nwere otu ilu na akpaalaokwu siri gbaa iche iche n'ọdịdị ha na kwa na nghọta ha. Ofomata (2004: 175) gakwara n'ihu were depụta kpọmkwem sị:

> Akpaalaokwu na ilu abụghị otu. Ha dịcha iche na nghọta ha. Mana ha bụcha okwu nka ndị Igbo ji achọ asụsụ ha mma. Ilu na-adị n'ahịrịokwu maọbụ na nkebiahịrịokwu. Ilu okwu ka akpaalaokwu ahịa ahụ na nghọta. A na-echemiri ilu echiche ime tupu e nye nkọwa ya. Mana, akpaalaokwu, onye ọbụla maara ya na-ama nkọwa ya ozigbo e kwuru ya.

Ụzọ ọzọ kwa ndịiche siri dị n'etiti ilu na akpaalaokwu bụ na akpaalaokwu bụ atụmatụ okwu kpọmkwem, mana ilu bụ atụmatụ agụmagụ. Ogbuagu (2012: 70) na-ime ka o doo anya nke ọma na ndịiche dị n'etiti akpaalaokwu dịka atụmatụ okwu na kwa ilu dị ka atụmatụ agụmagụ kọwara sị:

> N'oge mbụ atụmatụ okwu na atụmatụ agụmagụ jikọtara onwe ha ọnụ bụrụ otu n'asụsụ Igbo. Ọ bụ mgbe Maazi F.C Ogbalu na ndị Igbo ndị ọzọ maara ihe ekwe na-akụ n'asụsụ Igbo zukọtara ọnụ n'afọ 1984 ka e kepụtara atụmatụ agụmagụ n'ime atụmatụ okwu. Ndị kwekọrịtara n'okwu a na n'echiche a bụ ndị Nigerian Educational Research

> Council (NERC). Atụmatụ okwu na atụmatụ agụmagụ bụcha ihe e ji achọ ekwumekwu na edemede mma, mana a hụtara atụmatụ agụmagụ dị ka "aha nkenke jịkọrọ ụmụ obere agụmagụ ọdịnaala ndị ahụ ndị Igbo ji achọ ekwumekwu maọbụ edemede mma." Emenanjọ (1986: iv).

Tupu afọ 1984, a na-ahụta ma na-ewerekwa ilu na akpaalaokwu dịka atụmatụ okwu. Mana ugbua, nkwa adaghariala. E gosila ndịiche dị n'etiti Ilu na Akpaalaokwu, nke gosipụtara akpaalaokwu dị ka atụmatụ okwu mana ilu bụ atụmatụ agụmagụ.

Ndịiche ọzọ dịkwa n'etiti Ilu na Akpaalaokwu bụ na ilu na-adị n'ogologo okwu maọbụ n'ahịrịokwu bụkwa nke a maara dị ka ahịrịilu, mana Akpaalaokwu na-adị na nkenke okwu. N'ihi nke a, a ga-asị na akpaalaokwu na-adị na nkebiokwu maọbụ usorookwu n'ime ahịrịokwu ọ dị na ya. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpatara Nwadike (1981: 19) jiri kwuo maka akpaalaokwu sị:

> Ndị a bụ okwu amamihe dị nkenke e jikwa achọ asụsụ mma. Nghọta ha dị ofere karịa ilu n'ihi na site n'ihe e jiri maa atụ, onye nwere ọgụgụ isi ga-aghọta ihe ekwe na-ekwu. Ilu na-adị n'ahịrịokwu zuru ezu, ma akpaalaokwu na-adị na nkeji ahịrịokwu.

N'aka nke ọzọ, Akpaalaokwu na-adị mfe na nghọta karịa Ilu. Ilu na-ata akpụ na nghọta karịa akpaalaokwu. N'ezie, ha abụọ bụcha okwu nka, okwu amamihe n'asụsụ Igbo, mana o nwere nke ka ibe ya nwee aha ma mie emi na nghọta karịa ibe ya. Ọ bụ ilu. Ofomata (2005: 246) na nkọwa ya banyere ndịiche dị n'etiti ilu na akpaalaokwu mere ka a mata na 'Ihe akpaalaokwu jiri dị iche n'ilu Igbo bụ maka na ilu ka akpaalaokwu sie ike na nghọta. Ilu

na-adịkwuazị n'ahịrịokwu zuru oke.' Emenanjo (2008: 7) na nkọwa ya banyere ilu n'ime ahịrịokwu dere sị:

> N'ịkpọ okwu aha, ilu ọbụla na-akpị okwu akpị. Mkpụrụokwu ọbụla dị n'ilu bụ nke a na-ehi asaa n'anya were na-ewepụta ma hazie nke na-eme ilu ka ọ dị n'usoro (fọmụla). Ụzọ e si eji uche ruru ala na echiche tọrọ atọ were na-ahazi ilu na-eme ka ilu nwee nghọta miri emi.

Na nkowa ya banyere Akpaalaokwu, akwụkwọ ọkọwaokwu a kporọ Webster's Universal Dictionary and Thesaurus (2007) mere ka a matakwa na akpaalaokwu:

> Bụ nkebiokwu maọbụ nkọwa nke nghọta ya na-adị iche na nkwupụta ya ma bụrụkwa ụzọ e si eji mkpụrụokwu dị n'asụsụ were na-akọwapụta echiche, olundị na kwa ekpemekpe dgz.

Ọkpụrụkpụ ihe ọzọ kwa dị iche n'ebe ilu na akpaalaokwu nọ, bụ na a na-atụ ilu atụ. A naghị ekwu ya ekwu. Ihe e jikwanụ a sị na a na-atụ ilu atụ bụ na ndị Igbo nwe ilu ma nwerekwa asụsụ Igbo ilu dị n'ime ya maara nke ọma na ilu bụ okwu amamihe nke a na-akpachapụrụ anya ma n'ikwu ya, ma n'ịghọta ya. N'ihi ya, ilu adịghị ka okwu nkịtị ndị ọzọ. Ọ bụ eziokwu na akpaalaokwu sokwa wee bụrụ okwu amamihe dị ka ilu mana a naghị atụ ya atụ otu ahụ e si atụ ilu. Ofomata (2007: 188) kọwara sị:

> A na-atụ ilu atụ. A naghị ekwu ya ekwu ma ọ bụ kọọ ya akọ. A naghị atụ akpaalaokwu atụ dị ka e si atụ Ilu. Ịtụ ilu bụ ijikọ ọnụ, mkpụrụokwu ndị kwesịrị ịbịakọ ọnụ, iji were wepụta ọkpụrụkpụ nghọta dị n'ihe a na-ekwu

> maka ya ma na-arụtụkwa aka n'ebumnuuche e jiri kwuo ya bụ okwu. Mana ụdịrị ọnọdụ dị otu a adịghị n'akpaalaokwu n'ihi na ọ bụ okwukwu ka a na-ekwu ya.

Ofomata (2000: 81) gakwara n'ihu were kọwaa na Ilu ọbụla a tụrụ n'asụsụ Igbo nwere ihe e bu n'uche were tụọ ya. Ilu na-enwe nghọta dị n'ime ya n'ihi na ilu ọbụla nwere ihe ọ na-akọwa. Ọ bụ maka na a na-atụ ilu atụ kpatara ndị Igbo ji asị: ***Tụọrọ anyị Ilu***. Ndị Igbo anaghị asị kwuoro anyị Ilu.

Ọ bụ eziokwu na ilu na akpaalaokwu na-egosipụta nghọta, amamihe, echiche miri emi na ndụmọdụ, mana ilu ka akpaalaokwu were na-egosipụta ma na-ezipụta omenaala, nkuzi zuru oke, usoro ndụ, ekpemekpe, ọdịbendị na ọdịnaala ndị Igbo. Ogbalu (1974: 140) na nkwado ya banyere echiche a kọwara ka o doo anya sị:

> Asụsụ enweghị akụkọ otu e sibu detuo ya n'akwụkwọ nwere ụzọ gbasiri ike o si echekwaba agụmagụ ya, akụkọala ya na nghọta ya n'usoro eziokwu ịkwụ ọtọ banyere ndụ na omenaala. N'ihi ya, ilu bụ nke jupụtara n'amamihe, nleruanyaala na akọnauche nnanna anyị ha bụ ndị amaghị ede na ndị amaghị agụ ma bụrụkwa ndị wepụtara ka a ga-esi chekwaa ma na-echeta n'ụzọ dị mfe ndụ na omenaala ndị Igbo.

Okebalama (2003: 114) kọwara na Akpaalaokwu bụ ọkpụrụkpụ mbugharị nghota. Akwụkwọ ọkọwaokwu *'The New Intenational Webster's Comprehensive Dictionary of the English Language – Encyclopedic Edition (2004)* n'aka nke ya kọwakwara na akpaalaokwu bụ:

Nkọwapụta gbasara otu asụsụ, nke enweghị ike zipụta site na nsupụta ya maọbụ site na nghọta mpaghara dị iche iche mebere ya.

Na mkpọkata, a ga-asị na ebe akpaalaokwu bụ usoro okwu na-egosipụta okwu amamihe ndị Igbo na kwa n'asụsụ Igbo, na ilu bụ okwu amamihe na-egosipụta usoro ndụ na omenaala ndị Igbo site n'asụsụ Igbo.

Ọ ga-abụ ihe magburu onwe ya na mma ma ọ bụrụ na e depụta n'usoro n'usoro na kwa na nkewa na nkewa ndịiche ndị ahụ dị n'etiti ILU na AKPAALAOKWU. Maka na ọnọdụ dị otu a ga-enyere aka n'ịmata nke ọma otu atụmatụ okwu abụọ ahụ siri dị iche n'etiti onwe ha. Ọ bụ eziokwu na e nyela nkọwa banyere otu ha abụọ siri dị iche site n'ihe nkọwa dị iche iche ndị ọkammụta dị iche iche mere banyere ha. A ga-edepụta ndịiche ndị ahụ dị n'ILU na AKPAALAOKWU site n'idepụta otu nke ọbụla siri dị iche n'ime ibe ya. A ga-eme nke a site n'idepụta ndịiche ndị ahụ n'ihe osise teburu.

NDỊICHE DỊ N'ILU NA AKPAALAOKWU

	Ilu	Akpaalaokwu
1.	A na-atụ ilu atụ. Ilu bụ okwu Igbo a na-echemiri echiche ime tupu e kwuo ya. Ọtụtụ a na-atụ ilu bụ na a na-akpachapụ ezigbo anya ma a na-ewepụta ilu. Ọ bụkwa n'ụdịrị mkpachapụ anya a na-akpachapụ ma a na-	Okwukwu ka a na-ekwu akpaalaokwu. A naghị atụ akpaalaokwu atụ. Ọ bụ eziokwu na akpaalaokwu bụkwa atụmatụ okwu ka ilu, ma ọ gbaghịrị ha abụọ n'ihi na ilu karịrị akpaalaokwu ma n'ọdịdị ma na nghọta.

	emebe ya kpatara nghọta ya ji adị n'ime okwu e kwuru. Ihe ọbụla a na-atụ atụ dị ka osisi, ikwè, ekwe, ụdọ, usè, dgz bụ nka ka e ji atụ ya. Ọ bụkwa otu ahụ ka o siri dịrị n'okwu a bụ ilu n'ihi na okwu ilu bụ nka ka e ji atụ ya, emebe ya, ewube ya, ewepụta ya.	
2.	Nghọta ilu na-adị omimi karịa nghọta akpaalaokwu. Ilu ọbụla a tụrụ nwere nghọta dị ya n'ime. Ọ bụghị otu e siri hụ ilu ka ilu dị. O nwere ihe dị ilu n'ime kpatara o jiri bụrụ ilu ahụ. Ọ bụzị e leba okwu ilu anya n'ime, e were nwee ike ghọta ihe o bu n'uche.	Ọ na-adị mfe ighọta akpaalaokwu karịa ilu. Nghọta akpaalaokwu anaghị esi ike ka nghọta ilu. Ọ bụ eziokwu na ilu na akpalaaokwu bụcha atụmatụ okwu mana ọ bụghị otu e siri ghọta ilu ka e si aghọta akpaalaokwu.
3.	A na-eji ilu were na-akọwa ilu. Ọ bụrụ na a tụọ ilu e nwekwara ike iji ilu dịkwa ka ilu ahụ a tụrụ were kọwaa ya. A na-enwe ọtutụ ilu na-akọwa otu ụdịrị ihe. N'ihi ya, mgbe ọbụla a na-akọwa ụdịrị ihe ahụ, e nwekwara ike iji ọtụtụ	A naghị eji akpaalaokwu were na-akọwa akpaalaokwu. Ọ bụrụ na e kwuo akpaalaokwu, a naghị ejikwa okwu akpaalaokwu ọzọ were na-akọwa ya n'ihi na ọ gaghị adaba. Ọ bụ naanị n'ilu ka usoro na atụmatụ dị otu ahụ na-adaba.

	ilu ahụ ilu nwere were kọwaa ya.	
4.	Ilu na-adị n'ogologo okwu zuru oke karịa akpaalaokwu. Ilu ọbụla na-adị n'ahịrịokwu zuru oke, malite na mmalite ahịrịokwu were ruo na njedebe ahịrịokwu. Okwu maọbụ mkpụrụokwu ọbụla dị n'ahịrịokwu ilu bụ nke so were mee ka okwu ilu ahụ zuo oke ma nwee nghọta dị ka ilu. O nwee nke ọbụla n'ime ha ewepụrụ, ọ ga-eme ka okwu ilu ahụ rie mperi.	Akpaalaokwu na-adị na nkenke okwu. Ọ bụghị okwu maọbụ mkpụrụokwu niile dị n'akpaalaokwu bụcha akpaalaokwu. A bịa n'akpaalaokwu, e nwere mkpụrụokwu ndị na-enyere aka were na-ewepụta okwu akpaalaokwu. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpatara e jiri sị na akpaalaokwu na-adị na nkenke okwu.
5.	Ilu na-egosipụta usoro ndụ ndị Igbo. Ilu na-ewepụta ọdịbendị, omenaala na ọdịnaala ndị Igbo. Ihe ọbụla banyere ndụ ndị Igbo jupụtara n'ilu Igbo n'ihi na ọ bụ site na ndụ ndị Igbo na-ebi, ihe na-eme ha na ndụ, akparamagwa ha na okirikiri ha ka ha si enweta ma na-ewube ilu.	Akplaaokwu bụ atụmatụ okwu nka ndị Igbo ji achọ asụsụ Igbo mma. Mana akpaalaokwu anaghị ezipụta ọdịbendị, omenaala na ọdịnaala dị ka ilu si eme.
6.	Ilu na-adị n'ahịrịokwu	Akpaalaokwu na-adị na

	zuru oke. Ilu ọbụla na-abụ ahịrịokwu nọọrọ onwe ya. Ilu Igbo ọbụla na-enwezu ngwongwo niile okwu na-enwe tupu okwu abụrụ ahịrịokwu. Ọ bụ n'ihi nke a kpatara e jiri mee ka a ghọta na ilu na-adị n'ahịrịokwu zuru oke.	nkebiokwu maọbụ nkebiahịrịokwu. Akpaalaokwu anaghị abụ ahịrịokwu zuru oke dị ka ilu. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpatara ilu jiri kara ya ogologo.
7.	Ịkọwa ilu na-abụ ihe tara nnukwu akpù karịa akpaalaokwu. Nkọwa ilu na-ahịa ahụ. Ọ bụrụ na a tụọ ilu, ọ bụghị onye ọbụla na-aghọta ya. Ọ bụ ndị ụbụrụ ha na-aghọ nkọ na-aghọta ilu. Ilu bụ okwu miri emi. Onye echemighị echiche ime anaghị aghọta ilu. A na-akọwara onye aghọtaghị ilu, ilu ka o were ghọta ya.	Ịkọwa akpaalokwu anaghị esi ike ka ilu. Nkọwa akpaalokwu na-adị mfe karịa ilu. N'ezie, ilu na akpaalaokwu ahaghị. Ilu karịrị akpaalaokwu. N'ihi ya, nkọwa ilu na nkọwa akpaalaokwu ahaghị. Nkọwa ilu karịrị nkọwa akpaalaokwu.
8.	Okwu ilu Igbo jupụtara na mmụta, nkuzi, ịdọ aka na ntị, ịkpachapụ anya, ịma ọkwa, igosi ụzọ, ịma atụ, ịhazi ọnọdụ, ime omenaala, imezi ihe nke ọma, uru na ọghọm dị n'ihe nke ụwa, echiche mmadụ	Akpaalaokwu abụghị atụmatụ okwu bara ndụ ndị Igbo ime dị ka ilu si were baa. Ọ bụghị okwu e si na ya were na-enwetacha ihe niile na-enye nkọwa banyere ọdịbendị, omenaala na ọdịnaala ndị Igbo. Akpaalaokwu na-egosipụta naanị otu ihe siri dị

	banyere ụwa dgz. N’ezie, onye ọbụla bụ onye Igbo maara ilu Igbo na-atụ ilu Igbo ma na-aghọta ilu Igbo, anaghị azọhie ọkpa. Ụdịrị onye ahụ na-abụkwa onye na-akpachapụrụ ndụ ya na kwa ụwa ọ nọ n’ime ya, anya.	na kwa ka e siri hụ ihe.

Isi Nke Irinaisii

ỌRỤ ILU NA-ARỤ N'ASỤSỤ IGBO

Ọrụ ilu na-arụ n'etiti ndị Igbo site n'asụsụ Igbo bụ nke dị ukwu ma dịkwa omimi. Ilu bara ọtụtụ uru dị iche iche ma dịkwa ezigbo mkpa n'asụsụ anyị bụ asụsụ Igbo na kwa na mmekọrịta anyị na ndụ. Okwu Igbo niile bụ nke jupụtara n'ilu. Asụsụ Igbo bụkwa otu n'ime asụsụ e nwere n'ụwa ma bụrụkwa asụsụ e jiri mara agbụrụ Igbo, bụ nke ilu mejupụtara. N'ezie, okwu Igbo bụ nke jupụtara n'amamihe. Ọ bụkwa ilu mere ka okwu Igbo maọbụ asụsụ Igbo bụrụ nke jupụtara n'amamihe na nghọta miri emi. Uru ilu bara na kwa ọrụ ọ na-arụ n'etiti ndị Igbo bụ nke e kwesịrị ka a kọwapụta nke ọma. Ilu dị ezigbo mkpa n'asụsụ na kwa na ndụ ndị Igbo. Ọ bụ ya kpatara Ofomata (2004: 161) jiri dee ma kọwaa sị:

> Onye ọbụla na-amụ asụsụ na omenaala Igbo kwesịrị ịmụta ilu nke ọma n'agbanyeghị mba onye ahụ si, ka ọ ghara iso na ndị a na-ewere dị ka ọbịara n'izu amaghị okwu. Ndị Igbo tụrụ ilu were sị na ọ bụrụ na nwatakịrị mụta akwa nnụnụ, ọ gbaa mbọ mụtakwuo ufe ya. N'ihi ya, ọ bụrụ na ị mụtala ka e si asụ na ka e si ede asụsụ na omenaala Igbo, ị ga-agba mbọ mụtakwuo nke ọma otu e si atụ ilu na otu e si akọwa ya. Maka na asụsụ Igbo e wepụrụ ilu na ya (ilu na-adịghị) dị ka mmanụ e wepụrụ nnu na ya (mmanụ nnu adịghị na ya). Ọ bụrụ na ị mụta ilu were tinyekwuoro ya ihe ndị ọzọ ị mụtarala n'asụsụ Igbo, ị mara na ọ bụghị mmadụ ga-agwa gị tupu ị mara na ị batala asụsụ na omenaala Igbo ime nke ọma.

N'ezie, onye ọbụla maara asụsụ Igbo mana ọ maghị maka ilu Igbo na uru Ilu Igbo bara n'asụsụ Igbo na kwa n'etiti ndị Igbo ga-amata na o rubeghị ebe ọ na-eje na nghọta okwu omimi dị n'asụsụ Igbo. Ndị gboo n'ala Igbo wepụtara ilu Igbo, wepụtara ya iji were mee ka asụsụ ha tozuo etozu na nghọta na kwa n'ihe ọbụla ha chọrọ iji ya were mee. Ọ bụkwa site n'ilu ka ndị Igbo si amata ma na-egosipụta usoro ndụ ha na kwa àgwà ha n'obodo ha. Site n'ihi nke a ka Nwadike (2009: 29) jiri dee sị:

> E ji ilu were na-egosipụta akparamagwa na kwa usoro ndụ ndị obodo. Ọ bụ ya bụ ụzọ kacha mma e ji anabata omume ma a bịa na nsiniiwu obodo kwekọrịtara; maka na e ji okwu akọ were na-ekwupụta ha ma bụrụkwa nke e ji edozi agwa ndị ọzọ n'agbanyeghị afọ ole ndị ahụ gbara maọbụ ùgwù ha nwere. (Obiefuna: 20)

O kwesịrị ka a na-ekwu maka ilu n'ihi uru dị iche iche ọ bara n'asụsụ Igbo na ndụ ndị Igbo, ma tinyekwara oke mkpa ọ dị na mmụta anyị (ndị Igbo na ndị na-amụ asụsụ Igbo) banyere asụsụ Igbo. Ndị Igbo si n'ilu were na-akọwapụta ndụ ha, akọnuuche ha, akparamagwa ha, usoro ndụ ha, nghọta ha, mmekọrịta ha na mmadụ ibe ha, omume ha na kwa echiche ha niile banyere ụwa ha nọ n'ime ya. N'ezie, ilu dị ezigbo mkpa na ndụ ndị Igbo ma bakwaa nnukwu uru. Ọ bụ nkwenye dị otu a kpatara Okebalama (2003: 91) jiri kọwapụta sị:

> Ilu bụ ngwa ọrụ echiche n'ihi na ụdị echiche e ji ewube ilu dị egwu. A na-ewebatacha ihe ọbụla dị n'elu ụwa a, ọnọdụ ọbụla dị n'elu ụwa a n'ime ilu. Nke a bụ ọrụ echiche miri emi. Nke a ka e ji ekwu okwu ọbụla ka ọ dị ike

maọbụ nro na ntị ma kpalie mmụọ ime mmadụ.

N'ezie, ọ bụ site n'ilu ka Igbo si egosipụta echiche ha na amamihe ha. Onye na-aghọta ilu Igbo na-amata ebe onye Igbo ọbụla ji ilu were na-ekwu okwu, na-aga. Ọ bụkwa site na nghọta ilu dị n'okwu ka e si amata ihe okwu na-akọwa na kwa 'isi a hụrụ kwawa okpu' dị n'okwu. Ọ ga-abụkwa ihe magburu onwe ya na mma ka a chịkọọ ọnụ ma kọwapụta n'otu n'otu uru dị iche iche ndị ahụ ilu bara na kwa ọrụ ndị ahụ ọ na-arụ n'asụsụ Igbo na kwa ndụ ndị Igbo. A ga-ejikwa ilu olenaole were zipụta nkọwa ndị ahụ a ga-eme. Ụfọdụ n'ime ọrụ ndị ahụ ilu na-arụ n'asụsụ Igbo bụ ndị a na-esota:

I. IWULITE AMAMIHE N'IME ONWE

Mgbe ọbụla a kpọtara ilu aha, ihe ọzọ na-abịa n'uche onye kwuru ya na kwa onye nụrụ ya bụ amamihe. N'ezie, ilu Igbo bụ okwu amamihe nke onye na-ekwu ya na-ewepụta ma bụrụkwa okwu amamihe onye na-atụ ya na-egosipụta. Ọ na-emekwa ka amamihe onye a gwara ya bụrụ nke na-agbanye mkpọrọgwụ maka na onye a tụorọ ilu ọ ghọta ya bụ onye maara ihe. Mana, onye a tụọrọ ilu, ọ ghọtaghị ya bụ onye amamihe ya ka ga-ejekwu akwụkwọ ka mmụta ya, were gbagotekwuo. Ilu okwu na-eme ka amamihe dị n'asụsụ Igbo baa ụba ma bụrụkwa nke dị ọkpụrụkpụ. Ụfọdụ ilu a na-atụ bụ iji were gosipụta maọbụ were kuzie amamihe. Site n'ụzọ dị otu a, amamihe anyị nwere banyere ụwa, ọnọdụ anyị, ndụ anyị nọ n'ime ya dgz abụrụ nke na-atụ ime were na-amụta nwa. Ịma atụ:

a. Onye anụghị ka enyi na-aga, ntị o chiri ya.
b. Awọ sị agwọ na ihe ọ na-agbara ọsọ abụghị ka ọ gbanahụ ya, kama na ọ bụ ka ọ gbaruo n'ihu ụmụnna ya.
ch. Anwụrụọkụ na-ebu ụzọ, ọ naghị ekpe azụ.

d. Ọhịa ọbụla ogwu mara ọkụkụ, mmadụ tinye isi na ya e buru ozu ya pụta.
e. Ọhịa ọbụla e butere ozu nza naabọ, ihe na-egbu nza nọ ebe ahụ.

Ilu ise a bụ ilu na-ewepụta amamihe, na-ewulite amamihe ma na-arụtụkwa aka n'amamihe. Ọ bụ ilu na-eme ka nghọta, amamihe na echiche onye kwuru ya pụta ìhè ma mekwaa ka echiche onye nụrụ ya gazuo ije nke ọma.

II. ỊCHỊKỌTA OKWU ỌNỤ

Ọrụ ọzọ ilu na-arụ ma bụrụkwa nnukwu uru ọzọ ilu bara, bụ ịchịkọta okwu ọnụ. Otù echiche ilu na-ekpokọ okwu dị ọtụtụ, ọnụ. Otù echiche ilu na-achịkọta ọtụtụ echiche e nwere n'okwu ọnụ. Ahịrịokwu ilu na-ewepụta ọtụtụ ahịrịokwu. Maka na ọ bụrụ na a tụọ ilu, a ga-akọwa ya akọwa dị ka e siri mee ka ị ghọta na mbụ n'akwụkwọ a. Ọ bụghị otu ahụ e siri kwupụta ilu okwu ka nkọwa ya na-adị. Nkọwa ilu okwu bụ ngwugwu nke e kechiri ọtụtụ ihe n'ime ya. Ị tọghee ya bụ ngwugwu, ị hụ ihe e kechiri n'ime ya. Okwu maọbụ akụkọ ọbụla ga-egbu oge ma e kwuwe ya maọbụ kọwa ya a chọọ ime ya nkenke, a tụọ ya n'ilu. Otu ilu okwu ga-achịkọ ihe niile ahụ a chọrọ ikwu maọbụ kọọ, ọnụ, ọmụmaatụ ilu maka nkọwa isiokwu a bụ:

a. Ụkwụ agwọ nọ ya n'afọ.
b. Ọ bụ be ete ka e si eje be nkwụ
ch. Onye ọbụla tara akwa ọkụkọ ataala ma isi ọkụkọ, ma ọkpa ọkụkọ.

N'ezie, a na-eji ilu okwu were na-ebe okwu nkenke nke ga-emekwa ka okwu e kwuru maọbụ nke a na-ekwu, kwụdosie ike.

III. IDOZI OKWU

Ọkpụrụkpụ ọrụ ọzọ ilu na-arụ bụ na e ji ya edozi okwu. Ọ bụrụ na okwu sie ike, ilu okwu bata, okwu ahụ adị nro. Okwu ọbụla ghasara aghasa, ọ bụ ilu okwu ka e jikwa achịkọta ya ma hazie ya. Ọ bụ site n'idozi okwu ka ilu ji achọ asụsụ mma. A na-ekwu okwu, ilu bata n'okwu ahụ, okwu ahụ na-ewere ezigbo ọnọdụ. Maka na ihe niile a ga-ekwu bụ nke ga na-adazi adazi n'ụzọ a chọrọ. N'ezie, ilu na-ete okwu mmanụ. Ọ na-eme ka ọkpụkpụ ọbụla dị n'okwu bụrụ nke agaghị agbado onye obụla, ma bụrụkwa nke a ga-elofe n'ụzọ dị werewere. Ilu na-eme ka obi dị ọkụ juọ oyi ma ghanata azụ. Ọ na-emekwa ka onye na-amaghị mata isi ihe ọ chọrọ iji iwe mee na kwa ọnọdụ ọjọọ nwere ike isi n'ihe ahụ ọ chọrọ ime, dapụta. N'ezie, ilu na-eme ka okwu rịrị elu rịdata ala ma bụrụkwa nke e doziri, ma sikwa na ya nweta udo. Ọmụmaatụ ụfọdụ banyere ilu bụ ndị a:

a. Dike erighị arịrị, naanị ya ebiri.
b. E rie ka a ha were lọta ọrụ, agụụ agụgbuo ụmụaka.
ch. Naanị ihe dike ritara n'ọgbọọgụ bụ 'bịa nara aka'
d Ọ na-abụ e mee mmanụ n'aka, e were rie ụtara ede.

IV. ỊCHỌ OKWU MMA

N'asụsụ Igbo, ọ bụ ilu ka ndị Igbo ji achọ okwu ha, mma. Ọ bụ ya kpatara e ji were na-ekwu na ilu bụ mmanụ ndị Igbo ji eri okwu. Ezema (2012: 96) kọwara n'akwụkwọ ya na Ilu bụ nnu na mmanụ Ndịigbo ji esu okwu. O kwesịrị ka anyị mata na ọ bụ ilu ka ndị Igbo ji ete okwu ha ude. Ha na-ejikwa ilu were na-eme okwu dị njọ na ntị ka ọ dị ụtọ na ntị. Ilu na-eweta obiụtọ ma ọ bụrụ na ọ gbajuo were dọrọ. Ilu na-eme ka okwu a chọghị ịnụ bụrụ nke ntị ọbụla ga-anabata. N'ezie, ilu na-achọ okwu mma ma mee ya ọ bụrụ naanị ụtọ n'obi onye ọbụla. O kwesịkwara ka

anyị mata na ilu na-amanye okwu gba ọtọ, ọgọdọ, nke ga-eme ka okwu ahụ bụrụ ihe nńomi. Iji were maa atụ:

a. E gbuo mma ka e si welie aka e gbukụrụ ọkpụkpụ.
b. Otu ọ masịrị afọ ya siri saa nne ewu, ọ ga-ejuriri abọ.
ch. Mkpụrụakwụ na-ada ada wee danye n'ime ite mmanụ sị na ọ laruola ebe ọ na-aga.
d. Were akụede kpuchie nsị ma tụtụrụ ụdara rachaa.

Ọ bụ ihe doro anya ma zie ezie na onye ọbụla maara maka ilu Igbo nke ọma na-ama ka e si ahazi okwu na kwa ka e si edozi okwu ka ọ daba adaba n'usoro kwesịrịnụ.

V. IWETA UDO NA MGBAZIỌNỤ

Uru ọzọ ilu na-aba na kwa ọrụ ọzọ pụrụ iche ọ na-arụ bụ na ọ na-enyere aka nke ukwu n'iweta udo na kwa mgbaziọnụ. Ọ bụrụ na nsogbu dị, e were nwee okwu na ụka, ọ bụrụ na ilu okwu bata n'ime ya bụ okwunaụka, udo esochie ya azụ. O nweekwanụ ihe mgbasaanya ọbụla dapụtaranụ, ọ bụrụ na a chọọ mgbaziọnụ, ilu na-arụ ya n'ụzọ na-eju afọ. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpatara ndị Igbo ji achọ onye maara maka okwu nka nke ilu so n'ime ya, nke ọma ma ọ bụrụ na a chọọ iweta udo n'ebe esemokwu dị. Ilu Igbo ga-eme ka a ghọta na ụwa anyị nọ n'ime ya amaliteghị taa. Na o teela ụwa dịwara. Na kemgbe ụwa malitere ka ihe dị iche iche na-eme n'ime ya. N'ihi ya, na o nweghị ihe anya ahụbeghị, o nweghịkwa ihe ntị anụbeghị. Ilu ndị a na-esota ugbua bụ ilu ndị e ji eme ka ala dị ọkụ jụọ oyi, ma webata udo. Lee ha:

a. E gbuo ma iwe, e lie ma ọnụma.
b. A gaghị ekworo maka iwe oke were suo ụlọ ọkụ.
ch. Onye ọbụla na-ekwere onye ara egwu bụ onye ara.
d. Ọ bụghị mmiri niile zoronụ ka a na-echepụrụ ihe n'ezi.

Ọzọ kwa bụ na ilu Igbo na-ewetakwuazị agamniihu, ịrụsi ọrụ ike, ịkpachapụ anya, ịhụnanya, ịdịnaotu, ịgba mbọ, anya iru ala, obi ọcha, imepụta ihe, ịrụkọ ọrụ ọnụ, nkuzi mmụta, nghọta, mmekọrịta dgz, n'etiti ndị nwe ya ma werekwa ya na-eme ihe. Uru ilu Igbo bara karịrị ole ndị ahụ e depụtara. N'ezie, ilu Igbo na-arụ ọrụ pụrụ iche n'asụsụ Igbo.

Isi Nke Irinaasaa

ILU ỌKPỤ NA ILU ỌGBARAỌHỤRỤ

Ọ bụ ezie na ọ bụ ọhụrụ na-emebe ochie mana ọ bụ site n'ochie ka e si enweta ọhụrụ. Ihe ọbụla mere ochie abụrụla ihe ọkpụ ma bụrụkwa ihe terela aka mgbe o mere. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka ndị Igbo ji asị na ihe ahụ ataala ọjị. Maka na ọ bụrụla ihe nọtere nnukwu aka. Na ndụ, a na-ebu ụzọ amata ochie tupu a mata ọhụrụ maka na ọ bụ site n'ochie ka ọhụrụ si apụta.

N'ezie, ilu ndị a maara dị ka ilu ọkpụ bụ ilu ndị tọrọ anyị na ndụ ma bụrụkwa ilu ndị nna anyị na nna nna anyị ha tụpụtara, wepụtara, malitere ma wube dị ka okwu miri emi ha ji achọ asụsụ Igbo mma ma werekwa na-edozi okwu n'ụzọ kacha mma. Ọ bụ ilu ochie niile e nwere n'asụsụ Igbo ka a maara dị ka ilu ọkpụ.

N'ihi ya, ilu ọkpụ (ilu ochie) bụcha ilu ndị tọrọ anyị na ndụ ma bụrụkwa ilu ndị bucha anyị ụzọ were pụta n'ụwa. Ha bụ ilu ndị nna anyị, ndị nna nna anyị ha, ndị nna anyị ochie ha nwetara, chịkọbara, malitere, haziri ma wube dị ka ụmị okwu na echiche okwu miri emi e nwere n'asụsụ Igbo. Ọ bụkwa ndị gboo nyere okwu ndị ahụ echiche miri emi dị n'ime ha aha dị ka ilu. Ihe e jiri kpọọ ụdịrị okwu ndị dị otu a **ILU** bụ maka na ha bụ okwu dị okwu n'ime ma bụrụkwa okwu nghọta ha na-ahịa ahụ. Ọzọ kwa bụ na ọ bụ okwu onye na-echemi echiche ime na-ekwupụta ma bụrụkwa nke a na-atọghe dị ka ngwugwu okwu ma a chọọ ka a mata ihe okwu ahụ na-arụtụ aka.

Isi Nke Irinaasatọ

ILU ỌKPỤ NA ILU ỌGBARAỌHỤRỤ - NSIRINWETA HA NA NKỌWA HA

Imirikiti ilu ndị anyị na-atụ ugbua bụ ilu ọkpụ (ilu ochie), ilu ndị gboo nwetara, chepụtara ma wube. Ajụjụ wee bụrụ: Kedụ Nsirinweta Ilu Ọkpụ? N'ezie, ilu niile ndị mgbe ochie, ndị gboo wepụtara, malitere, wube ma dobere anyị bụ ilu ndị ha si na gburugburu ha, ihe ha hụrụ, ihe ha nwere, ihe ha mere, ihe mere ha, nsogbu bịakwutere ha, ọnọdụ ha n'ụwa, nghọta ha banyere ndụ nakwa ụwa ha nọ n'ime ya, ihe ha gabigara na ndụ ha, mmekọrịta ha na mmadụ ibe ha, echiche ha, mmụta ha, ọrụ ha rụrụ, mmegbu e megburu ha, mmesoọma e mesoro ha, anụọhịa, anụ enunu ha, nghọta ha, ije ha n'elu ụwa dgz were nweta.

Ilu anaghị esi n'elu were na-ada. Ọ bụ ihe na-eweta ilu okwu. Maka na ọ bụ kpororom mere nkịta jiri gbọọ ụja. N'ihi na ọ bụ ihe karịrị dike bịakwute dike, ọkpụrụkpụ okwu esi ya n'ọnụ pụta.

N'ezie, ọ na-adị mma ka e were nkụ e jiri hụọ udele were hụkwuo kpalakwukwu. Maka na nwanne enwe bụ edi. Ọ bụ etu ahụ o siri dị n'ilu ọkpụ (ilu ochie) ka o sikwa were dị n'ilu ọgbaraọhụrụ. Ilu ọgbaraọhụrụ (Ilu ndị ugbua) bụ ilu ndị ọgbọ ugbua. Ọ bụ ilu ndị pụtara n'oge nke anyị ma bụrụkwa ilu ndị anyị tọrọ. Ihe e jiri kpọọ ha ilu ọgbaraọhụrụ bụ maka na ha bụ ilu ndị anyị chịkọbara, Ilu ndị anyị wubere, mebere, wepụtara ma were ha na-emebe okwu. Ilu ọbụla pụtara n'oge nke anyị, n'oge ugbua bụcha ilu ọgbaraọhụrụ maka na ọ bụ egwu gbara n'ihu azị ka azị na-agba. Mana ajụjụ a ga-ajụ bụ: Kedụ otu e si amata na ilu bụ ilu ọgbaraọhụrụ nakwa Nsirinweta Ilu Ọgbaraọhụrụ? Otu e si amata ilu ọgbaraọhụrụ bụ na ha bụcha ilu ndị e ji ihe ndị a na-ahụ n'oge ugbua, n'ọgbọ ugbua dị ka moto, traụza, brezi, sukulu, taya, tipa, chịọchị, baịbụlụ, lifutu, aliloya, mekaniki, amị,

polisi, buutu, soja, osikapa, fada, dgz. were na-emebe. Ọ bụkwa site n'ihe ndị gbara ndị ugbua gburugburu, ihe ha na-ahụ, ihe ha na-agabiga, ihe mere ha na kwa ihe ha na-eme ka ha si enweta ilu nke ha. Ilu ndị ugbua niile ha na-ewepụta ma na-ewube bụ site n'ọnọdụ ha na kwa ihe ndị ha na-ahụ na ndụ ha ka ha siri nweta ha ma na-enweta ha. Mana ọtụtụ mgbe, ndị ugbua anaghị ama na okwu ụfọdụ ha na-ekwu bụ ilu n'ihi na ọ bụghị mgbe e gbuturu ka ọ na-akpọnwụ. Ọ bụ nghọta dị otu a kpatara o jiri dị mkpa ka a na-achọpụta, edetu ma na-akọwakwa ilu ọgbaraọhụrụ ndị ahụ e nwere na kwa ndị a ga-enwe. Ilu ọgbaraọhụrụ ndị a ga-emecha ghọrọkwa ilu ọkpụ (ilu ochie) mgbe anyị nwetara ha, wepụtara ha, wubere ha ga-anọcha n'ụwa a were nwụọ. Ndị ọgbọ ọhụrụ bụkwa ụmụ ndị anyị ga-amụta, ga-ebilitekwa, tolite, nọchie anya anyị ma sikwa n'ihe ndị ga-apụta n'oge nke ha, ihe ha ga-ahụ, gburugburu ha, ihe ha ga-agabiga, echiche ha dgz were nweta ma mebe ilu n'oge nke ha.

O kwesikwara ka anyị mata na ọ na-abụ ihe ọhụrụ nọtee aka, ọ ghọọ ihe ochie. Ọ bụ eziokwu na ọ bụ ndụ ochie na-eweta ilu ochie, ndụ ọhụrụ na-eweta ilu ọgbaraọhụrụ mana ọ bụ site n'ilu ọkpụ (ilu ochie) ka e si amata ilu ọgbaraọhụrụ.

Isi Nke Irinaitoolu

ILU ỌKPỤ IGBO – NSIRINWETA HA NA NKỌWA HA

Mmụta ilu na nghọta ilu na-ewepụta nghọta dị omimi dị n'asụsụ Igbo. Ilu ọbụla a tụrụ nwere ihe mmụta, ihe nkuzi, ihe nghọta na ihe nkọwa dị n'ime ya. N'ihi nke a, ọ bụ ya ka o jiri dị ezigbo mkpa ma kwesị ekwesị ka e depụta ụfọdụ ilu Igbo ndị e nwere ma nyekwa nkọwa ha. E nwekwara ụdịrị ilu dị iche iche. Ogbuagu (2012: 73) mekwara ka a mata na e nwere ụdị ilu dị iche iche nke na-enyere aka ewepụta otu ebumnuche na nkwenye ndị Igbo dị. E deela ma kọwaa ụdịrị ilu dị iche iche. Mana ugbua, a ga-edepụta ụfọdụ ilu Igbo e nwere, ilu Igbo a na-atụ, ma kọwaa ha, ma wepụtakwa nghota dị n'ime ha. Ọ bụ eziokwu na ilu Igbo juru eju ma bara abara, mana ọ bụ naanị ole e depụtara n'akwụkwọ a ka a ga-enye nkọwa ha.

ILU ỌKPỤ IGBO		NSIRINWETA HA	NKỌWA HA
1.	Agwọ na-atụ mbe na-atụ okpokoro ya	Ọ bụ site n'okuko mbe ka e siri nweta ilu a n'ihi na okpokoro mbe na-akpọ nkụ ma sie ike ka mkpume. O nwee ihe ọbụla bịara ka o merụọ mbe ahụ, mbe na-amịkpu onwe ya n'ime okpokoro ya na-esi ike. Ihe ọbụla a na-eme	O kwesịghị ka mmadụ na-ala ike ya n'iyi n'ihe ọ gaghị emenwu.

		n'okpokoro ya anghị emetụta ya. Ọ bụrụ na agwọ chọọ ịtụ mbe, mbe na-amịbanye onwe ya n'okuko ya, agwọ tụọ ya ọnụ, ọ burụ n'okpokoro mbe ahụ nke siri ike ka mkpume ka ọ tụrụ ọnụ. Ọnụ ahụ ọ na-atụ mbe agaghịkwa emetụta ya. Ọnụ ahụ agwọ ahụ na-atụ ya enweghịkwa isi n'ihi na ọ bụ n'okpokoro mbe ka ọ na-atụ ya. O bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
2.	Onye ụlọ ya na-agba ọkụ anaghị achụ nta òke	N'oge gboo a na-achụ nta oke, ọ bụ egwu na amụ ka e ji achụ nta oke. A gbachie akụkụ a, a gbachie akụkụ nke ọzọ. Ọ bụghị ụdịrị ọnọdụ ahụ ka a tụrụ anya n'aka onye ụlọ ya	Onye ọbụla nnukwu ihe dakwasara kwesịrị ka ọ hapụ ihe ọbụla ọ na-eme ma gbaa mbọ bupụ nnukwu ibu ahụ dadoro ya.

		na-agba ọkụ maka na ụlọ ịgba ọkụ bụ ihe dị egwu n'ala Igbo.	
3.	Ọ bụ onye hụrụ ji ọ na-eri sịrị na ede na-agbaka agbaka.	N'ala Igbo, mgbe elu bụ ala ọsa, ji bụ nnukwu ihe. Onye nwere ji ma na-erikwa ji bụ ọgaranya. A na-esikwa ede esi ma sitee ya aka tupu e rie ya. Ọ bụrụ na e meghị ya otu ahụ, ọ na-agbaka agbaka. Ọzọ kwa dị ka ibe ya bụ na ọ gbaghịkwara ede na ji n'ihi na ji karịrị ede. Ọ bụ site n'echiche dị otu ahụ ka e siri nweta ilu ahụ.	Onye ihe dịịrị mma anaghị ama na ahụhụ dị
4.	Ọkụkọ ọbụla ga-abụ oke ga-ebido n'eju	N'oge gboo n'ala Igbo, eju bụ ipekiri ọkụ maọbụ ite a na-edowere nnekwu ọkụkọ maka iyi akwa na kwa ịbụ ụmụ. Nnekwu ọkụkọ ga-ekpu akwa ya n'eju ahụ ma nọrọkwa na ya	Ihe ọbụla mmadụ ga-abụ na-amalite mgbe a mụturu onye ahụ.

		bụọ ụmụ ya. Ọ bụkwa n'ime eju ahụ ka ndụ ọkụkọ na-amalite maka na ọ bụ uriom ga-emecha bụrụ okeọkpa maọbụ nnekwu. Ọ bụ n'ihe dị otu a ka ndị Igbo siri mebe ilu a.	
5.	Isi dị mma ike ngwungwu mana olu ekweghị.	Ọ bụ site n'ọrọghọrọ otu isi mmadụ siri dị nke ọ bụ olu bu ya ka e siri nweta ilu a. Olu na isi jikọrọ ọnụ. O nweghị nke a ga-ewepụ hapụ ibe ya n'ihi otu ọnọdụ siri dị. Ọ bụ site n'onodụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	Ihe anaghị agacha ka e siri chọọ ya.
6.	A na-ekwu ihe ụdara mịrị, ọ na-ama ifuru	Ọ bụ site na mkpurụosisi ụdara ka e siri nweta ilu a. Ọ bụ ifuru na-emecha buo ma ghọrọ ụdara. Ifuru bụ ọnụ ụdara ga-emecha ghọrọ ụdara. Ọ bụ site	A na-agwa mmadụ maka ihe o mere, ọ na-akwado ihe ọzọ ọ ga-eme.

		n'ifuru ka ụdara si apụta.	
7.	Obere onye gbuo ehi, mpara ya echie Nkwọ	N'ala Igbo, e nwere nnukwu mmadụ, nwee obere mmadụ. Nnukwu mmadụ bụ onye nwere ihe. Mana obere mmadụ bụ onye aka esichaghị ike. Ehi bụkwa ndị nnukwu mmadụ na-egbu ya. N'ihi nke a, ọ na-abụ obere mmadụ menwuo ihe nnukwu mmadụ na-eme, ọ na-eko ka achịcha.	Mmadụ mee ihe ọ maghị na ọ ga-emenwu, o nweghị ebe ga-aba ya aba Mkpukpu azụ ya ahara ka ụlọ
8.	Ịgba asịrị gụba ndị Nze, ha akwụba atọ atọ	Ọ bụ site na ndụ ndị chiri echichi Nze ekwesighị ibi ka e si were nweta ilu a. Onye ọbụla chiri ọzọ n'ala Igbo wee bụrụ Nze, nwere àgwà o kwesighị ka ọ na-akpa. Mgbe ọbụla ka anya ndị obodo na-adị n'ebe ndị chiri echichi nọ.	Ọ bụ site n'omume mmadụ na-eme ka e si amata echiche ya

		Mgbe ndị Nze dị mmadụ abụọ maọbụ atọ, kwụkọọ ọnụ maọbụ nọkọọ ọnụ, o nwere ihe ha ga na-akọ n'etiti onwe ha. Ihe ha na-akọ nwere ike ọ bụrụ ihe mere gbasara ndị obodo ha.	
9.	Onye ihe emebeghị n'akpịrị amaghị na asọmmiri bụ nri.	Akpirị bụ ebe e si elofe ihe ọbụla ọnụ riri maọbụ taa, n'afọ. N'ihi ya, ihe ọbụla metụtara ya na-emetụta ahụ niile. Asọmmiri bụ nke mmadụ na-elofe kwa mgbe ọbụla. Mana, ihe mee mmadụ n'akpịrị, ọ na-elo asọmmiri, akpịrị a na-afụ ya ụfụ.	Onye ihe dịịrị mma amaghị na ahụhụ dị n'ụwa ọ nọ na ya.
10.	Onye ọbụla ji agamevu gwọọ ajụ, o bulitechaa ibu ka o buru, o butuo ma dọwakwa ya.	Agamevu bụ ahịhịa dị n'ime ọhịa ogwu na-ejupụta n'ahụ ya niile. N'oge gboo, onye Igbo chọọ ibu ihe, ọ hụghị	O nweghị ihe mmadụ ga-emenwu ihe karịrị ya.

		ajụ, ọ na-eji ahịhia dị n'ọhịa mere ajụ, mana ọ gaghị abụ agamevu. Maka na onye ọbụla ji agamevu gwọọ ajụ achọghị onwe ya ndụ.	
11.	Nwatakịrị hụkarịa enyi nne ya, o gbuo ya mma.	Ndị Igbo na-agbarụ ihu n'ihe gbasara iko, ọ kachasị nwaanyị nọ na be di. Nwatakịrị ọbụla na-ahụta nne ya dị ka onye dị asọ na-ekwesịghị ka nwoke na-ayị ya. O nweghịkwa nwatakịrị ọ na-adị mma ma ọ chọpụta na o nwere nwoke na-ayị nne ya. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	O kwesịrị ka mmadụ na-akwanyere onwe ya ùgwù n'ihe ọbụla ọ na-eme.
12.	Okenye kwuo otu okwu, o mee otu ọjị	Ndị Igbo ejighị ọjị egwuri egwu, ọkachasị otu o siri gbasa ndị okenye. Onye ọbụla bụ ezigbo onye	A na-ekwu ekwu, a na-eme eme.

		okenye n’ala Igbo ọjị anaghị akọnahụ ya. Ihe izizi ọ na-enye onye bịara na be ya bụ ọjị. Okenye ọbụla n’ala Igbo, na-ewepụta ọjị ma a bịa na be ya. Ọ nwekwanụ okwu ọbụla a chọrọ ikwu, a ga-awagodu ọjị. Ọ bụ a tachaa ọjị, e were banyezịa okwu n’ime. Ọ bụ site na nghọta dị otu ahụ ka ilu a siri pụta.	
13.	Ozu amaghị na akịka eriela ya.	E mebere ilu a site n’ọnọdụ ozu n’ime ala e liri ya na akịka ga-ata ya. Ọ bụ n’ime ala ka a na-eli ozu nwụrụ anwụ. Ihe jupụtakwaranụ n’ime ala ahụ bụ akịka (termite). N’ime ala ka akịka na-adị. Ọ bụkwa n’ime ala ka a na-adọnyekwa ozu	Onye na-eme mmadụ ihe bụ onwe ya ka ọ na-eme. N’ihi na onye ọ na-eme ihe nọọrọ onwe ya.

		n'ụdịrị ili ya eli. Ozu nwụrụ anwụ anọghịzi ndụ. Ihe ọbụla na-eme ya, ọ maghịzikwaa. Akịka na-ata ya, ọ maghịzikwa na akịka na-ata ya. Akịka ga na-atarikwa ozu ahụ mgbe ozu ahụ ga na-ere ure.	
14.	Ebe nshịkọ na-echi eze bụ na mmiri ntaa.	Nshịkọ bụ anụmmiri na-ebi n'ọnụ mmiri dọ na ya. Ọ naghị anọ na nnukwu mmiri maọbụ oshimmiri. Ọ bụ site na ya ka e siri wube ilu a.	Ọ bụ ebe dị ntakịrị ka obere mmadụ na-enye nsogbu.
15.	Onye nwere diochi adịghị mma iji mmiri mee ụtụtụ.	Onye bụ diochi n'ala Igbo bụ onye e ji ite mmanya wee mara. Ọ bụkwa n'ụtụtụ ka diochi ji eje ebute mmanya nkwụ ya maọbụ ngwọ ya gbatara. Diochi na-edowekwa nke ọ ga-ańụ n'ụlọ ya ma rekwaa nke ọ	Onye nwere onye ga-enye ya ihe ọ ga-eri ekwesịghị ka agụụ gbuo ya.

		chọrọ ire ere n'ahịa mmanya. Maka na diochi na-enwe mmanya mgbe dum kpatara ndị Igbo jiri wube ilu a.	
16.	Kama tabiri hakobe eze, sị hapụ ya ka ọ nọrọ n'ọkụ jụọ oyi.	Ọ bụ site n'otu nri dị ezigbo ọkụ si enye nsogbu n'ọnụ ka ilu a siri pụta. Mgbe ọbụla mmadụ weere ihe dị ezigbo ọkụ tinye n'ọnụ, ihe ahụ ga na-afụ ya ọkụ n'ọnụ. Onye ahụ ga na-emeghekwa ọnụ ya ka ihe ahụ jụọ oyi. O kwesịkwara ka a mata na ọ bụ ọkụ (clay pot) ka e ji eri ihe n'oge gboo.	O kwesịghị ka a na-eso ihe ụwa n'ike.
17.	Ịgba ụzọ nwaanyị abụghị ịgba ụzọ nwa.	Nkwenye ndị Igbo bụ na ihe e ji alụ nwaanyị bụ maka nwa. Na ozigbo a lụtara nwaanyị, ya na nwoke biri, na o kwesịrị ka	Ihe niile na-eme n'ụwa na-aga otu Chukwu siri chọọ ya.

		nwaanyị ahụ dị ime ozigbo. Mana, ọ bụchaghị mgbe niile a lụbatara nwaanyị ozigbo ka ọ na-atụrụ ime. Ọ bụ site na nkwenye dị otu a ka ilu a siri pụta.	
18.	Isi akwụ anaghị ada n'ala gbara aka aja.	Ọ bụ osisi nkwụ na-amị isi akwụ. Osisi nkwụ bụkwa osisi na-eto ogologo. Ọ bụ akwụ ka ndị Igbo ji eme mmanụ. Ọ bụrụ na akwụ chaa, a na-egbutu isi akwụ, akwụ chara na ya. E gbutuo isi akwụ n'ala, ahụ ya na-ejupụta n'aja. Ọ bụ maka ya ka ilu a jiri pụta.	Oke mmadụ anaghị aga ije ga-aghọ ya ahịa.
19.	A naghị ere ọkụkọ ọkpa gbajiri n'ụlọ.	Ọkụkọ ọbụla ọkpa gbajiri bụ ọkụkọ ahụ ezughị oke. N'ihi ya, a ga-anwụrụ ya n'aka ga resị onye ezi amaghị maka ya.	A naghị ezo ihe n'ebe a maara maka ya.

20.	Nnụnụ anaghị ezu ohi n'akwụ ya.	Akwụ nnụnụ bụ ebe nnụnụ na-ebi. Ọ bụkwa nnụnụ na-akpa ya. Ọ na-adị n'elu osisi. Ihe dịkwanụ n'ime akwụ nnụnụ bụ nnụnụ nwe ya. N'ihi ya, onye ohi anaghị ezu onwe ya ohi. Ọ bụ na ya ka ilu a siri pụta.	Mmadụ ekwesịghị ime onwe ya ihe ọjọọ.
21.	Akwa abalị abụghịrị ekpe ụwa ọma.	Ekpe bụ nwaanyị di ya nwụrụ. Ọ na-anọ n'akwa mwute mgbe niile ọkachasị mgbe ahụ ya na di ya na-anọkọ mgbe di ya nọ ndụ. Akwa niile ọ na-ebe mgbe niile ọkachasị n'ime abalị bụ maka ọnwụ di ya na ahụhụ ọ ga-abanye maka ọnwụ di ya nwụrụ. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	Onye ọbụla nsogbu dabidoro nọ n'ahụhụ.
22.	Agadi nwaanyị kpụchara isi were gbajie agụba, ọ bụrụ	Tupu rezọ (razor) abịa, ọ bụ agụba ka ndị Igbo ji akpụ isi. Agụba bụ	Mmadụ kwesịrị ka ọ na-eche maka echi.

	na isi ya rute ọzọ, ọ chọba agụba.	nwantọntọ mma na-aghọ nkọ nke ukwu. Ọ bụ ya ka ndị Igbo ji akpụ ntutu isi n'oge gboo. Ọ bụ site na agụba ka e siri nweta ilu a.	
23.	A na-achọ ka agbọghọbịa lụọ di, nke na-ete ọkpa amapụta	Chukwu ji mma were ghụọ nwaanyị ahụ ọkachasị nwagbọghọbịa. Agbọghọbịa bụ nwata nwaanyị na-alụbeghị di. Mkpa ya niile bụ ịlụ di, n'ihi na o nweghị ihe na-echu nwaagbọghọbịa ụra karịa ịlụ di. Echiche ya niile bụ ka ọ lụọ di. Mgbe niile ọ na-edozi onwe ya ka ọ maara ma ọ ga-agakwa ahịa. N'ihi ya, mma ka e jiri mara agbọghọbịa mana ịdị ike ka e jiri mara okorobịa n'ala Igbo. Ọ bụkwa nkwnye ndị Igbo na nwaagbọghọbịa	Mgbe ụfọdụ, ọ bụghị ihe mmadụ chọrọ ka ọ na-ahụ.

		nwere ọrụsị maọbụ nwaagbọghọbịa ịlụ di ga-ahịara ahụ. N'ihi na o nweghị nwoke ga-achọ ka ọ lụọ mpegere nwaanyị. E si na mma nwaagbọghọbịa were wepụta ilu a.	
24.	Ana m eji aka naabọ ebu ọfọ, ọ bụghị naanị m ka ụwà siiri ike.	Ọfọ bụ osisi nsọ ndị Igbo na-asọpurụ ma na-akwanyere ùgwù. Ọ na-epe mpe. Ọ karịghị ihe otu aka na-eji. Mana, ọ bụ maka ịkwanyere ya ùgwù na nsọpụrụ ka e ji eji aka naabọ ebu ya. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e si were nweta ilu a.	Mmadụ ekwesịghị ka o kworo ọnọdụ ọjọọ ọ hụrụ onwe ya n'ime ya were mee ihe o kwesịghị ime.
25.	A naghị anara mmadụ ete ma narakwa ya ogbe akwụ	Ete bụ ụdọ a hịrị ahị nke ọma. Ọ bụ ya ka ndị Igbo ji arị elu nkwụ maka igbutu akwụ. Ọ bụ site n'ete na isi akwụ nke nkwụ na-amị	Ọ bụghị i mee mmadụ ihe, ị sị ya ekwula okwu.

		ka ilu a siri pụta.	
26.	Nkịta anaghị ata ọkpụkpụ a nyabara ya n'olu	Ọ bụ ịta ọkpụkpụ ka e jiri mara nkịta. Nkịta ejighị anya ahụ ọkpụkpụ. Ọkpụkpụ na-atọ ya ụtọ nke ukwu. Mana o nweghị otu nkịta ga-esi tanwuo ọkpụkpụ e kedoro ya n'olu maka na ọnụ ya agaghị enwetanwu ya. Ọ bụkwa otu nkịta na ọkpụkpụ si eje ka ilu a siri malite.	Mmadụ ekwesighị ka o mebie ihe e nyere ya ka o ledo anya
27.	Ọchụ nwa ọkụkọ nwè ada, nwa ọkụkọ nwere mwemwe ọsọ.	Ọ bụrụ na a chụwa nwa ọkụkọ ọsọ, ya bụ obere ọkụkọ ka na-etolite etolite, (uriom) ọ naghị agba ọsọ ya ogologo ogologo, ọ na-agba ya ngọrịngọ nke na-eme ka onye na-achụ ya ka o nwude ya na-ada ada. Ọ bụ site n'ụdịrị ọnọdụ a	Onye na-achọ ka o megide onye o nweghị ihe o mere ya na-anọ na nsogbu mgbe niile.

		ka e siri nweta ilu a.	
28.	Ụkpana na-erela n'ọkụ, ọ sị na ọ na-aha mmanụ.	Ụkpana bụ nnukwu ahụhụ na-efeghari n'ọhịa. Ụmụaka na-eri ya site n'ịhụ ya n'ọkụ. A na-ahụ ya n'ọkụ, ọ na-asụpụta mmanụ. Ọ bụ ihe a ka Igbo lechara anya were si na ya mebe ilu a.	Onye na-ala n'iyi, o chee na ọ na-eme nke ọma.
29.	Ọhịa ọbụla ọkụkọ bara ogwu maa ya, mmadụ baa ya e buru ozu ya pụta.	Ọkpa ọkụkọ adighị ka ọkpa mmadụ. Mkpụrụ ọkpa ọkụkọ adighịkwa ka nke mmadụ. Otu ọkpa ọkụkọ siri dị, ihe ọmụma anaghị ama ya dị ka o si ama mmadụ. Ihe na-ejupụtakwanụ n'ime ọhịa bụ ogwu. Ọ bụ site na nghọta a ka ndị Igbo siri nweta ilu a.	Ihe ọbụla mesiri dike ike, onye esighị ike tinye isi na ya, o nwere ike idula ya mmụo (onye ahụ aghọrọ ozu.)
30.	Onye ụgha na-agha, ihe ya a na-efu.	Asị maọbụ ụgha (lie) bụ ikwu ihe abụghị eziokwu. Onye ọbụla	Mmadụ kwesịrị ikwu ka ọ ha.

		anaghị ekwu eziokwu bụ onye na-aghọrị onwe ya. Maka na asị ahụ ọ na-asị bụ onwe ya ka ọ na-emegide. Ọ bụ site na ya ka e siri nweta ma mebe ilu a.	
31.	Onye zoro ezo nyoo mmadụ, mmadụ ezoro ezo nyoo ya.	Onye ọbụla na-enyo ihe, na-ezo ezo were na-eme ya. Otu ahụ o siri zoro ezo were na-enyo mmadụ ka e sikwuazị ezoro ezo were na-enyo ya n'ihe ọ na-eme. Ọ bụ site n'ụdịrị nghọta a ka e siri wube ilu a.	Ọ bụ otu onye si emeso mmadụ ibe ya ka a ga-esi mesokwa ya omume.
32.	Ọ na-abụ a dụọ ngwọ, a dụọ ntị.	Ọ bụ site n'osisi ngwọ ka e si enweta mmanya ngwọ. Ọdụdụ ka a na-adụ osisi ngwọ, a naghị akụ ya akụ. Ọ bụrụ na a dụọ ya, e lewezịa anya ka ọ dịrị ma towe. Ebe a na-adụkwanụ	Echiche mmadụ kwesịrị ịdị n'ihe ọbụla ọ na-eme.

		ngwọ bụ n'ala mmiri maka na ngwọ na-eji mmiri were na-eto. Ọ bụrụ na mmiri adịghị n'ala ebe a dụrụ ya, ọ kpọnwụọ. Ọtụtụ mgbe, ọ bụghị ngwọ niile a dụrụ na-adụhụ. Onye ọbụla dụrụ ngwọ na-anọ n'olileanya ka ọ mara ma ngwọ ya ọ ga-anwụ ka ọ ga-etolite. Ọ bụ site n'ihe dị otu a ka ndị Igbo siri wube ilu a.	
33.	Ji gbapụtara n'elu ka a na-azọ ụkwụ.	Ji a kọnyere n'ala ekwesịghị ka ọ gbalite n'elu maka na ọ bụ n'ime ala ka ọ ga-anọ were na-erupụta. Mana ji hapụ ime ala o kwesịrị ịnọ were na-eto, were tpụta n'elu mkpụrụ onye gafee n'ubi ebe ọ dị, ọ zọrọ ya ụkwụ na-aga.	Ọ bụ mmadụ na-ebute ihe e ji emesi ya ike.

		Site n'ọnàrà (experience) dị otu a ka ndị Igbo siri nweta ilu a.	
34.	Ọkwụrụ anaghị akarị onye kụrụ ya.	Ọkwụrụ bụ mkpụrụosisi e ji esi nri dị ka ofe, ji, achịcha, ede, dgz. Ọ bụkwa osisi ọkwụrụ na-amị ọkwụrụ. Ọ bụrụ na a na-aghọta ọkwụrụ, a na-anọ n'ala were na-eme nke ahụ. A naghị arị ya elu n'ihi na osisi ọkwụrụ pere mpe ma dịkwa ntakịrị. Ogo mmadụ na-aka ogologo osisi ọkwụrụ. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka e siri nweta ilu a.	Ihe mmadụ nwere anaghị akarị ya.
35.	Ngwere gbawa ọsọ were hapụ ukwu osisi aka akpara ya.	Ọ na-abụ ngwere hụ mmadụ maọbụ mmadụ chụwa ngwere ọsọ, ngwere na-eji ọsọ arịkwasa n'ukwu osisi maọbụ n'elu aja were gbawa ọsọ ndụ ya. Onye	Mmadụ hapụ ihe ọ maara tinye aka n'ihe ọ maghị anya ya, onye ahụ enwee nsogbu.

		na-achụ ya agaghịkwa emenwu ihe ahụ o mere. Ọ bụ site n'akparamagwa dị otu a nke e si na ngwere enweta ka ilu a siri pụta.	
36.	Ahụrụ a nyụrụ n'elu osisi na-agba ijiji gharịị.	Ahụrụ bụ ikuku isi na-esi mmadụ n'ike apụta. Ebe a na-ahụkanarị ijiji bụ ebe ihe na-esi isi dị. Ọ bụkwa ebe ihe na-esi isi dị ka ijiji na-anọ. Ijiji anaghịkwa anọ n'elu, ọ bụ n'ala ka ọ na-efegharị. N'ihi ya, isi ọbụla si n'elu were gbadata n'ala bụ nke ọ maghị ebe o siri pụta maọbụ malite.	Ihe ọbụla mmadụ anọghị mgbe e mere na-agbasa ya anya.
37.	Onye ọbụla nyụrụ ahụrụ bụ onwe ya ka ọ nyụsàrà ya.	Ahụrụ na-esi isi. Onye ọbụla nyụrụ ahụrụ bụ ya ga-ebu ụzọ nụ isi ahụrụ ọ nyụrụ tupu ndị nọ ya n'akụkụ anụ isi ya. Site n'omume	Onye ọbụla na-eme ihe dị njọ bụ onwe ya ka ọ na-eme ya.

		dị otu a ka e siri wube ilu a.	
38.	Otu mkpụrụaka rụta mmanụ, o zuo ọhà ọnụ.	Mmanụ bụ n'akwụ ka e si enweta ya. E ji ya esi nri ma werekwa ya na-eri nri. Mmanụ na-emetọrọ mmadụ akwa ma ọ bụrụ na a maghị were jide ya. Mkpụrụaka rụta mmanụ maọbụ metụ mmanụ, ọ bụrụ na e hichapụghị ya, onye ọbụla o metụtara o metọọrọ ya akwa. Ọ bụ site n'ihe mmanụ na-eme ka ilu a siri pụta.	Ihe ọbụla mmadụ mere na-emetụta ndị nọ ya n'akụkụ.
39.	Onye afọ na-asa akpachaghị anya, ya na akwa ya ekee nsị ahụ abụọ.	Afọ ịsa mmadụ bụ mmadụ ịnyụ nsị mmiri mmiri n'esepụghị aka. Ọnọdụ dị otu a bụ ọrịa dịịrị onye ọ na-eme. Mgbe ụfọdụ, onye afọ na-asa na-anyụsa onwe ya nsị ma ọ bụrụ na ọ	Onye ọbụla nwere nsogbu ejidesighị onwe ya ike, nsogbu ahụ ebo ya àpà.

		kpachapụghị anya. Ọ bụ site n'otu afọ ọsịsa si enye onye na-arịa ya nsogbu ka e siri nweta ilu a.	
40.	Okwu okwu amaghị uche onye e ji n'ala	Onye na-ekwu ọtụtụ okwu na-eme ka a mata uche ya. Onye jidere mmadụ n'ala karịrị onye ahụ o jidere. Mana, ọ maghị na onye ahụ o jidere nwekwara ụzọ ọ ga-esi mesie ya ike. Ọ bụ site n'akparamagwa ikwu ọtụtụ okwu (ikwu oke okwu) ka e si mebe ilu a.	Mmadụ anaghị ama ihe onye ha abụọ na-emekọ ihe na-eche (ihe o bu n'uche.)
41.	Onye sị ihe m ekwesịla m, o nweta nke ya, ya ekwesịkwala ya.	Ihe ọbụla mmadụ nwere na-enye ya ọńụ. Ọ bụkwa olileanya ya na ndị mmadụ ga-esoro ya nabata ihe o nwere. Ọ na-ewute ya ma ọ bụrụ na ihe ahụ o nwere bụrụ nke na-afụ ụfọdụ ụfụ n'obi. Ọ bụ site	Ihe onye na-echere mmadụ bụkwa ihe na-abịara onye ahụ.

		n’omume na akparamagwa anyị ka ndị Igbo siri nweta ilu a.	
42.	Ebe ozu dị, ka udele na-agbakọ.	Udele bụ nnụnụ ọjọọ n’ala Igbo. Ndị Igbo anaghị eri anụ ya eri n’ihi ụdịrị ndụ ọ na-ebi. Udele na-eri ozu. Ebe ọbụla ozu dọ ma tọgbọrọ, na-ere ure, e lighị ya eli, udele ga-anọ ebe ahụ na-eri ozu ahụ. Udele na-eri ihe nwụrụ anwụ na kwa anụ rere ure. Ọ bụ site n’otu ahụ udele si eme ka e siri nweta ilu a.	Ndị mmadụ anaghị akọ ụkọ n’ebe ha ga-erita ihe, ebe uru dị.
43.	Azịza abụghị ihe, mana ụtụtụ a chọwa ya.	Azịza ka ndị Igbo ji asacha ma ụlọ ha, ma mbaraezi ha. Mgbe azịza (broom) kacha aba uru n’ala Igbo bụ n’oge ụtụtụ. Ọ bụ n’ụtụtụ ka a na-eji ya aza ma imeụlọ ma mbaraezi. Ọ bụrụ	Ihe ọbụla nwere uru ọ bara.

		na aziza adighị, ụlọ anyị agaghị adị ọcha. Ọ bụ site n'ọrụ aziza na-arụ ka ilu a sịrị pụta.	
44.	Ewu niile bụrụ ewu mmụọ, ewu mmụọ, ndị bịa, kedụ nke ha ga-akpụrụ?	Ewu bụ anụụlọ. Ọ bụkwuazị anụ enunu. Uru ọ bara ebuka. A na-eri ya eri ma werekwa ya na-egbo mkpa dị iche iche dị ka iji were kwụọ ụgwọ mmadụ ji, iji were kwaa ozu, iji were chụọ aja, ire n'ahịa were reta ego. Mana, ewu mmụọ bụ ewu mmụọ nwe. Ihe ọbụla mmụọ nwe, mmadụ anaghịkwa emetụ ya aka. Maka na onye tinyere aka n'ihe mmụọ nwe bụ ọnwụ ya ka ọ na-achọ. Ọ bụ site n'otu ewu siri dị n'ala Igbo ka ilu a siri pụta.	Onye dị mma ekwesighị ime ihe dị njọ.
45.	Ọkụkọ ọcha	Ọkụkọ ọcha na-	Onye dị mma

	danye n'ògùrù akwụ, mma ya arụọ.	acha pioo ma na-egbuke egbuke. Ọ na-ama mma n'anya. Oguru akwụ na-adị ka mmanụ mana ọ bụghị mmanụ. Ọ bụkwa n'akwụ ka oguru si apụta. Ọ bụkwa mgbe e si n'akwụ emepụta mmanụ ka oguru akwụ na-apụta. Ọ bụkwa oguru akwụ ka ndị Igbo ji akpụ uriọkụ (egbenduru) Ihe ọbụla oguru akwụ metụrụ na-abụ nke tetọrọ etetọ. Ihe dịkwanụ ọcha danye n'oguru akwụ, ọcha ihe ahụ echuo. Ọ bụkwa otu ahụ ka o siri dị n'ebe ọkụkọ ọcha dị. Ọ bụ site n'otu ahụ ọkụkọ siri acha ụcha na kwa otu oguru akwụ siri dị ka ndị Igbo si were nweta ilu a.	ekwesịghị ime ihe dị njọ.
46.	Ịkpọ ụkwụ na	Onye ọbụla kpọrọ	Ihe ọjọọ, n'ụdị

	mkpume bụrụ ngọzị, ya abịarala m.	ụkwụ na mkpume ga-emerụrị ahụ. O nweghị onye kpọrọ ụkwụ na mkpume na-enwe ọńụ. Ọ bụrụ na ụkwụ onye ahụ azaghị aza, ọ gbaa ọbara. N'ihi ya, ilu a si n'ọnọdụ dị otu a were pụta.	n'ụdị ọbụla abịarala mmadụ n'ihi na ihe ọjọọ bụ ihe ọjọọ.
47.	Onye ọbụla tụrụ nsị aka arachaala ya.	Nsị bụ ihe mkpofu mmadụ si n'ahụ ya anyụpụta. Ọ na-esi isi ma na-adịkwa oyi n'anya. Onye hụrụ nsị maọbụ zuo nsị n'ụzọ na-agbarụ ihu. Ebe ọbụla a maara na nsị dị, a na-agbape ebe ahụ, si ebe ọzọ. N'ihi ya, onye hụrụ nsị na-achara ya. A naghị aga nso n'ebe nsị dị, kama a rụọ ya aka ebe ọ dị. Ọ bụ site n'otu nsị na-adị ka ilu a siri pụta.	Onye ọbụla nọ ebe a gbara izu ihe ọjọọ esorola mee ihe ọjọọ ahụ.
48.	Ihe nwata na-	Nwata anaghị ańụ	Ọ bụ otu onye dị

	esi bụ nnu, nnu, ọ naghị esi mmanya mmanya.	mmanya ma ńụjuo ya afọ ka okenye. Ịnụ mmanya bụ ihe e jiri mara ndị okenye n'ala Igbo. Okenye ọbụla ńụjuru mmanya afọ na-esi mmanya mmanya. O kwuo okwu, isi mmanya ọ nụrụ esi ya n'ọnụ na-apụta. Mana nwata anaghị esi ụdịrị isi ahụ n'ihi na nwata anaghị ańụ mmanya na-egbu egbu. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka e siri nweta ilu a.	ka ihe ọ na-eme na-adị
49.	Kama enyi ga-anara enyi ya anụ tụfuo, ya sị ya na ọ gaghị eri.	Enyi bụ ụtọ dị n'etiti mmadụ abụo nke onye ọbụla n'ime ha abụọ agaghị achọ ka o nwee onye ga-emejọ ibe ya. Anụ bụ ihe na-atọ ụtọ ma bụrụkwa nke ọ bụ onye hụrụ mmadụ	Onye ọbụla maara ihe, kwesịrị ka o were uche ya na echiche ya na-eme ihe dabara adaba.

		n'anya na-enye ya onye ọ hụrụ n'anya. Ọ bụghịkwa ihe kwesịrị ekwsị ka onye enyi ya nyere anụ tufuo anụ enyi ya nyere ya. Ọ bụ site n'obibi ndụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
50.	Ọkụkọ lechanụ, ya tụrịa.	Ọ bụ site na ntụrị ihe ka ọkụkọ ji akpaju afọ ya. Ọkụkọ enweghị eze. Ọ bụ ntụrị ka ọ na-atụrị ihe. Tupu ọkụkọ eloo ihe, ọ ga-atụgodu ihe ahụ ọnụ. Ọ bụrụ na ọkụkọ hụkwanụ ihe ọ ga-eri, ọ bụ ọnụ ka ọ ga-eji tụrịa ya. Ihe ọbụla ọkụkọ ejighị ọnụ tụgbuo, o naghị elo ya. Ọ bụ site n'otu ahụ ọkụkọ si enyeju onwe ya afọ ka e siri nweta ilu a.	Mmadụ kwesịrị ịma ihe karịrị ya.
51.	Apa okwu	Onye ọbụla e	Okwu ọjọọ na-

	karịrị apa mma.	gburu mma maọbụ onye ọbụla mma gburu, ọnya mma ahụ gburu ya lachagodu, apa ya ga-adịrịrị. Onye ọbụla mma gburu, ọ bụrụ na ọnya mma ahụ gburu ya lachaa, ọ ga-enweriri ihe ga na-egosi na mma gburu ya na kwa ebe o gburu ya. Ụdịrị ihe ngosi dị otu a anaghị eso ọnya ala. Mana okwu e kwuru ekwu bụ nke onye kwuru ya na kwa onye ọ gwara ya nwere ike chefuo ma o tee aka e kwuru ya n'ihi na o nweghị ọkpụrụkpụ ihe a na-ahụ anya a ga-eji were na-echeta ya. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka ilu a siri pụta.	eru n'ahụ nnukwu.
52.	Nnekwu ọkụkọ kpatara	A bịa n'ọkụkọ, e nwere okeọkpa	Ọ bụ mmadụ na-emeta ihe e ji

	ihe e ji eri àkwa ya.	(cock), nwee nnekwu (hen). Okeọkpa anaghị eyi akwa (egg). Ọ bụ nnekwu ọkụkọ (hen) na-eyi akwa (egg). A na-eri akwa eri. Mgbe ụfọdụ, nnekwu ọkụkọ yibe akwa, ọ naghị eyikọ ya ọnụ. Ebe ọbụla ọ hụrụ, o yie akwa. Ọ bụrụ na o si otu a na-eyi akwa, ndị nwe ya ewere akwa ya na-eri. Mana, o yikọọ akwa ya ọnụ, a na-ahapụrụ ya akwa ya otu ahụ o siri yie ha n'ebe ahụ o yiri ha maka ikpu ha ekpu ma bụọ ụmụ. Ọ bụkwa site n'akwa ka e si enweta uriom. Ọ bụ n'akwa nnekwu ọkụkọ (hen) na-eyi, nke o si na ya abụ ụmụ, ka e siri nweta ilu a.	emesi ya ike.

53.	Ọkụkọ hapụrụ mma gburu ya wee tụgọbara ie olu.	Ọ bụrụ na e gbuo ọkụkọ were sie ya n'ite, olu ya na-agbagọ agbagọ. Ọ bụrụ na e sichaa ọkụkọ, olu ọkụkọ ahụ kwụ ọtọ tupu e were mma gbuo ya, na-agbago agbagọ ma bụrụzịa nke tụgobara atụgo. Ọ bụ site n'ụdịrị ọnọdụ a ka ndị Igbo siri wube ilu a.	Mmadụ ịhapụ onye mere ya ihe were na-eso onye o nweghị ihe o mere ya.
54.	Otu iko mmiri ezuola iji were saa ahụ dị mmā.	Ahụ ruo inyi, ọ bụ mmiri ka e ji asacha ya. Ahụ ruru inyi nnukwu bụ nke a na-eji nnukwu mmiri were saa ka e were nwee ike sachapụchaa atịtị na inyi dị n'ahụ. Mana ọ bụrụ na ahụ dị ọcha, o rughị inyi, obere mmiri ga-ezu iji were saa ụdịrị ahụ ahụ. N'ihi ya, ilu a bụ site n'otu mmiri e ji aghụ	Ihe ọbụla bụ ezigbo ihe anaghị ata mmadụ ahụhụ.

		ahụ na-aha ka e jiri mebe ilu a.	
55.	Ebe mmụọ nọ, mmadụ nọ ebe ahụ.	Mmadụ bụ aworo mmụọ anaghị ahụ mmụọ anya mana a na-ahụ mmadụ anya. Ọ bụkwa ihe na-atụ egwu mgbe ọbụla e kwutere maka ya. Mmụọ nọ n'ime onye ọbụla nọ ndụ. Ọ bụrụkwanụ na onye nọ ndụ nwụọ, ọ bụ ahụ onye ahụ nwụrụ, ọ bụghị mmụọ onye ahụ. Ọ bụrụ na ozu mmadụ tọgbọrọ, mmụọ apụọ. Ọ bụkwa nkwenye ndị Igbo na onye nwụrụ anwụ anwụchabeghị. Ọzọ kwa dị ka ibe ya bụ na ndị Igbo kwenyesịrị ike na ọ bụ mmụọ ndị nwụrụ anwụ na-echekwaba ndị nọ ndụ. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka	Ebe ọbụla ihe dị njọ dị, ihe dị mma dịkwa ebe ahụ.

		ilu a siri malite.	
56.	E ji ochie anya achọ ochie ụzọ.	Ochie ụzọ bụ ụzọ terela aka a maara maka ya, nke anaghị agbasa ndị maara ya, anya. Ọ bụkwa onye maara ụzọ bụ onye ụzọ ahụ doro anya. Onye ọbụla maara ụzọ abụghịzikwa onye ọhụrụ n'ụzọ ọ maara. Ụzọ ahụ ọ maara abụghịzikwara onye ahụ maara ya, ụzọ ọhụrụ. Ọ bụ n'ụdịrị ọnọdụ a na kwa ihe dị otu ahụ ka ilu a siri pụta.	A chọọ ime ihe a chọwa onye maara maka ya.
57.	Nkiri nkiri ka a na-ekiri ododo a naghị eji ya eli ozū.	Ododo bụ akwa a na-achọ mma nke ukwu. Ododo bụ akwà na-ama mma n'anya nke ukwu. N'agbanyeghị mma ya ahụ niile, ndị Igbo anaghị eyi ya eyi maọbụ were ya mee nnukwu emume a	O nweghị ihe mmadụ ji ihe abaghịrị ya uru were na-eme.

		na-eji akwà eme n'ala Igbo. Mana, a na-eji ododo akwā akwà egwu ma werekwa ya na-agba mmọnwụ. Ọ bụ otu e siri were ododo n'ala Igbo ka e siri nweta ilu a.	
58.	Oji onye n'ala ji onwe ya.	O bụrụ na mmadụ nwude mmadụ ibe ya n'ala, ọ bụrụ na onye nwudere onye ahụ bilie, onye ahụ o ji n'ala ebilie. Mana ọ bụrụ na onye ahụ jidere mmadụ n'ala ebilighị, onye o jidere n'ala agaghị ebili. Ha abụọ àtọ n'ala ebe ahụ. Ọ bụ site n'ụdịrị ọnọdụ a ka ilu a siri pụta.	Ihe ọbụla mmadụ na-eme mmadụ ibe ya bụ onwe ya ka ọ na-eme.
59.	Okwu dapụnarị ọnụ, ntụtụ ya ahịà àhụ.	Ọ bụ n'ọnụ ka okwu si apụta. Ihe ọbụla mmadụ chọrọ ikwu maọbụ kwuo bụ ọnụ ka ọ ga-eji	Mmadụ mebie ihe, mmezi ya na-esi ike.

		kwuo ya maọbụ jiri kwuo ya. Okwu bụ ihe a na-anụ na ntị, a naghị ahụ ya anya maọbụ metụ ya aka. Ọ bụ ya kpatara e jiri nweta ma wube ilu a.	
60.	Ike gwụrụ ọnwa, o were tifoo chi.	Ọnwa bụ n'abalị ka ọ na-eti. Ọ na-eweta ìhè n'abalị. Ọnwa nwere mgbe o ji apụta n'abalị ma nwekwaa mgbe o ji alakpu. Ọnwa nwekwara oge o ji apụta kwa ọnwa ọbụla na kwa mgbe o ji ala. Ọ bụrụ na ọnwa lawa, ọ na-etifo chi. Ọ bụ oge ahụ ka e ji ama na ọ bịara ije nwe ụla. Onye maọbụ ihe na-alaghachi ebe o siri pụta bụ onye maọbụ ihe mecharala maọbụ rụchaa ihe ọ bịara, maọbụ	Mmadụ anaghị akpacha anya were mefee ihe oke.

		onye ike gwụrụ n'ọrụ ọ na-arụ. Otu ahụ ka ọ dị n'ebe ọnwa nọ. Site n'otu ọnwa si eti ka ilu a siri pụta	
61.	Akwa ọkụkọ juru nkata, a ma nke bụ oke na nke bụ nne.	Ọ bụ site n'akwa ọkụkọ ka e siri nweta ilu a. Ọ bụ n'ime akwa ọkụkọ ka uriom ọkụkọ si apụta. Mana, a hụ akwa ọkụkọ, a naghị ama ụdịrị nwa ọkụkọ ga-esi na ya wee pụta. Ọ bụ site n'akwa ọkụkọ ka e si enweta okeọkpa ọkụkọ (oke) na nnekwu ọkụkọ (nnekwū). Ma okeọkpa, ma nnekwu ọkụkọ, ọ bụkwa uriom ọkụko na-aghọ ha.	Ihe dị ọtụtụ, a naghị amata ihe nke ọbụla n'ime ha bụ.
62.	Diochi anaghị akọcha ihe ọ hụrụ n'elu nkwụ.	Diochi bụ onye ote mmanya. Osisi nkwụ bụ osisi e si na ya enweta mmanya. Ọ bụkwa osisi na-	Mmadụ anaghị ekwucha ihe ọ gabigara na ndụ ya.

		eto oke ogologo. Onye na-ete mmanya rịgoo n'elu ya, ọ na-ahụ ọtụtụ ihe karịa onye nọ n'ala. Ọ bụ site n'ọrụ ite mmanya ka ilu a siri pụta.	
63.	Ọ dịghị mma ka onye gburu mmadụ mma chụchụọ ya azụ.	Onye ọbụla gburu mmadụ mma chọrọ ọnwụ onye ahụ o gburu mma. Ọ bụghị onye ahụ o gbru mma n'anya. Ọ bụ ihe ọ ga-eme onye ahụ ga-emegide onye ahụ maọbụ gbuo onye ahụ, ọ ga-eme ya. Ịchụchụ mmadụ azụ bụ ịsachapụ mmadụ inyi n'azụ onye ahụ. Onye kpọrọ mmadụ asị ekwesịghịkwa iji ogbo na ncha sachaa ya azụ maka na azụ mmadụ bụ nke onye nwe ya anaghị ahụ anya. Ọ bụ site n'ụdịrị	Onye megidere mmadụ ekwesịghị ka ọ bụrụ onye ga-ekwuchitere onye ahụ ọnụ ya.

		akparamagwa ọjọọ dị otu ahụ ka e siri nweta ilu a.	
64.	Ebe mmadụ abụọ lụrụ ọgụ gboo onwe ha, onye nke atọ ọ nọkwa ya?	N'ala Igbo, mmadụ abụọ lụwa ọgụ site na nghọtahie ha nwere, ọ bụ olileanya na ndị ọbụla maọbụ onye ọbụla nọ nso ebe ahụ ga-akwụsị ha ịlụ ọgụ ahụ. Ọ bụ onye ahụ ga-akwụsị ha ịlụ ọgụ ahụ ka a na-akpọ onye nke atọ. Ọ bụ site n'ịlụ ọgụ na kwa ihe onye hụrụ ndị na-alụ ọgụ ga-eme mere e jiri wepụta ilu a.	Ọ dịghị mma ka mmadụ hụ ihe ọjọọ ka ọ na-eme ma hapụ imezi ya.
65.	Ewu dina n'ala, dina n'akpụkpọ ya.	Ahụ ewu ka a maara dị ka akpụkpọ ya. Ọ bụkwa ahụ ewu ahụ ka ewu ji edina ala n'ala nkịtị. Site n'ihe a ewu na-eme ka e siri wube ilu a.	Ihe onye ọbụla na-eme bụ onwe ya ka ọ na-eme.
66.	Ọkụkọ chịrị ọkpa ya abụọ	Ọkụkọ na-enwe naanị ọkpa abụọ.	O kwesighị ka mmadụ

	maa ụtịrị, o tie obi ya n'ala.	Ọ naghị enwe aka, kama o nwere nku. Ọ bụkwa ọkpa naabọ ahụ ka o jiri kwụdosie ike n'ala. Ọ chọọ ka ọ gbatịa ha abụọ otu oge, ọ ga-adaruri ala n'ihi na o nweghị aka ọ ga-ebido n'ala ma ọ dawa. Ọ bụ site n'ụdịrị nchọpụta a ka e siri nweta ilu a.	mefuchaa ihe niile o nwere. Ọ ga-enwerịrị nke ọ ga-eji chebido onwe ya.
67.	Onye nwe ozu na-ebu ya n'isi.	N'oge gboo, mgbe ụgbọala e ji ebu ozu adịbeghị, ọ bụ n'isi ka a na-ebu ozu were buje ya ebe a ga-eli ya. Ọ bụ ndị ha na ozu ahụ nwụrụ anwụ bụ ụmụnne ga-ebu ya ma buje ya n'ebe a ga-eli ya. Site n'ọnọdụ dị otu ahụ ka e siri mebe ilu a.	Ọ bụ onye ihe dịịrị ma ka o siri dịrị ya.
68.	Egbe na-efe n'elu mana onyinyo ya dị	Egbe bụ nnụnụ na-efe efe. Ọ na-efekarị n'elu.	Ihe ọbụla mmadụ na-eme, a na-ahụ ya.

	n'ala.	Egbe na-efe n'elu, a na-ahụ onyinyo ya n'ala. Otu ọbụla o si were na-efe ka onyinyo ya ga-esi na-eme. Onyinyo bụ ndịka ihe, a na-ahụkanarị ọkachasị n'oge ehihie mgbe anwụ na-eti. Egbe bụkwa nnụnụ na-ebu ọkụkọ. Ọ bụ site n'otu egbe si efe ka ilu a siri malite.	
69.	Atụrụ ga-epu mpi, ekwo kakwaa ya aka.	Atụrụ bụ anụụlọ. Ọ naghị enwe mpi. Ekwò bụkwa azụ isi. Ọ bụkwa n'azụ isi ebe ahụ ka mpi (horn) anụ na-adị. Mpi na-adịkwa abụọ n'isi anụ na-epu ya. Site n'ihi na atụrụ anaghị enwe mpi ka e siri nweta ilu a.	O kwesịrị ka mmadụ kwado akwado nke ọma tupu o mee ihe.
70.	Ngwere daba n'olulu, ọ mata ndị iro ya.	Ngwere hụ mmadụ, ọ na-agba ọsọ ka a ghara ijide ya	Mgbe nsogbu dakwasara mmadụ ka o ji amata ndị hụrụ

		maọbụ gbuo ya. Ọsọ ya niile bụ ịmagoro n'ukwu osisi ma si na ya rịgoo n'elu osisi maọbụ n'elu aja. Mana, ọ bụrụ na ngwere daba n'ime olulu, ọ tọkịrị. Ọ gaghịzị agbanwu ọsọ ndụ ya. O nwere onye ga-ahụ ya n'olulu ahụ, o gbuo ya. Ọzọkwa, o nwekwara onye ga-ahụ ya n'olulu ahụ, ọ nwụpụta ya ma hapụ ya ka ọ gbalaga. Ọ bụ site n'ọnọdụ a ka e siri nweta ilu a.	ya n'anya.
71.	Osisi dụọ nwata n'ọkpụ, ọ mara na ọkpụ bụ ọnya.	Ọkpụ (anus) bụ ebe nsị si apụta n'ike. N'oge gboo, ọ bụ n'ọhịa ka a na-anyụ nsị. N'ihi ya, onye akpachapụghị anya, osisi maọbụ ata nwere ike ịdụ onye ahụ n'ọkpụ (anus) bụ ebe onye ahụ si	Ihe dị njọ mee mmadụ, ọ mata na ahụhụ dị n'ụwa.

		anyụpụta nsị, ma bụrụkwa nke ga-afụ onye ọ dụrụ ụfụ nnukwu. Site na nghọta a ka e siri nweta ilu a.	
72.	Ọnụ ọma kpụrụ ọkpụrụkpụ ọ dị ka ọ kpụ ọsụkwụ akwụ.	Ọsụkwụ akwụ bụ mkpụrụakwụ na-ejupụta n'uru na mmanụ. Mkpụrụ akị anaghị adị n'ime ya. Onye ọbụla na-ata ọsụkwụ akwụ bụ naanị akwụ ka ọ na-ata n'ihi na ọ naghị atakụta akị. Ọkpụrụkpụ bụ ihe ịtọ mmadụ n'ime ọnụ onye ahụ ka ọ zaa ma mekwaa ka a ga-asị na o nwere ihe onye ahụ kpụ n'ọnụ. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu ka ilu a siri pụta.	Onye siri ike na-arụ ọrụ siri ike ọ dị ka ọ dị mfe ọrụrụ
73.	Onye enweghị nne anaghị enwe enyi nne.	Ọ bụ nne na-amụta mmadụ. Onye ọbụla nọ n'ụwa a nwere nne mụtara ya. Nne ya ahụ ga-enwekwa onye ha	Onye anaghị agba mbọ anaghị enweta ihe ọ chọrọ.

		abụọ na-adị na mma. Nne adịghị, ihe ọbụla gbasara nne agaghị adị. Ọ bụ site n'ọnọdụ nne nọ n'ala Igbo na kwa na ndụ anyị, ka e siri nweta ilu a.	
74.	Ọ bụ onye hụrụ mmụọ anya maara otu isi ya ha.	Mmụọ bụ ihe a naghị ahụ anya. Ọ bụ naanị ndị a maara n'ala Igbo dị ka ndị oje na mmụọ (ndị oke dibịa) bụ ndị e chere na ha na-ahụ mmụọ. Maka na mmadụ agaghị ahụnwu mmụo. O bụkwa naanị onye hụrụ mmụọ nwere ike ịkọwa naanị otu isi ya na akụkụ ahụ ndị ọzọ na-adị. Onye ọ na-akọrọ ya ga-ekweta ya n'ihi na ọ bụ naanị ya hụrụ mmụọ ahụ. Ọ bụ site na nkwnye dị otu a ka e siri nweta ilu a.	Ọ bụ ihe mmadụ maara maka ya ka ọ ga-akọwanwu.

75.	Dimkpa tofee ịńụ mmiri akịbekee, ọ ńụwa mmanya.	Akụbekee na-amị n'elu. Ọ bụkwa mkpụrụosisi. E gbuwaa ya, a ńụọ mmiri na-adị n'ime ya. Mmiri ya na-atọkwa ụtọ. Mmiri ya anaghịkwa egbu egbu ka mmanya n'ihi na mmanya na-egbu egbu. Onye ńụkarịa mmanya, o bugharịwa ya. Ọ bụkwa onye isi ya kara aka na-ańụ mmanya ma hapụ imegheri emegherị. Ọ bụ site n'akịbekee (coconut) ka e siri nweta ilu a.	A na-etoru ime ihe etoru. Ihe ọbụla nwere mgbe.
76.	Onye ji ọkụkọ lie nne ya mere otu ike ya ha.	Ọ bụ site n'omenaala ili ozu na ịkwa ozu n'ala Igbo ka e siri nweta ilu a n'ihi na ihe e ji akwa ozu maọbụ lie ozu n'ala Igbo abụghị ewu chara acha, ọ bụrụ ehi gbara agba. Ọ	Onye ọbụla mere ihe ọ ga-emenwu agbalịala.

		bụkwa onye aka siri ike, ya bụ onye nwere ihe na-egburu nne ya ewu maọbụ ehi. N'ala Igbo, ọ bụrụ na nne nwaanyị nwụọ, a na-edula ya be nne ya. Olileanya bụ na ọ bụ ewu maọbụ ehi ka ụmụ ọ mụtara ga-akpụnye ndị be nwaanyị ahụ iji were duo ya. Mana onye aka ya erughị n'ewu maọbụ ehi, na-eweta ọkụkọ. Ụdịrị ọnọdụ a na-egosikwa ụbịam.	
77.	Ọta akị anaghị ama mgbe iwe na-ewe mkpume.	Mkpume ka e ji eti akị n'ala Igbo. Mgbe niile ka onye na-eti akị na-eji mkpume esuwa akị n'akwụsịghị akwụsị. Mgbe o ji akwụsị bụ mgbe ike iti akị gwụrụ ya, ọ bụghịkwa mgbe ike gwụrụ	Onye a na-emere ihe anaghị ama na ahụ na-afụ onye na-eme ya bụ ihe, ụfụ.

		mkpume. Ọ bụ site n'otu e si eti akị ka e siri nweta ilu a.	
78.	Onye chefuru ochie, onye ji ọhụrụ enyela ya.	Ochie bụ ihe terela aka ma nọtee aka. Nchefu na-abata n'ihe banyere ochie. Mmadụ kwesịkwara ka ọ na-echeta ihe e meere ya ka o were bie ndụ ya nke ọma. Ọ bụ site n'ochie a ka e siri nweta ilu a.	Onye ọbụla anaghị echeta ihe ọma e meere ya, kwesịrị ka e leghara ya anya.
79.	Nkịta na-ele ụzọ nri abụọ anya, otu n'ime ha ga-akwanahụ ya.	E nwetara ilu a site n'agwa nkịta. Nkịta bụ anụụlọ e ji iche nche na ịchụ nta wee mara. A na-enye nkịta nri otu ahụ e si enye mmadụ nri. Ihe niile mmadụ na-eri nkịta na-eri ya. Mana, mmadụ anaghị eri ihe niile nkịta na-eri.	O kwesighị ka mmadụ na-achọ ka o mee ọtụtụ ihe otu mgbe.
80.	A naghị asị onye maara ihe si n'anwụ	Anwụ na-acha n'ehihie. Ọ na-afụ ụfụ n'ahụ ma ọ	Onye ọbụla tozurula na mmadụ kwesịrị

	pụta.	malite chawa. Ọ bụrụ na anwụ chawa, onye ọ na-achasa n'ahụ na-achọ ebe ndo dị ọ ga-anọ were zere anwụ. Ọ bụ site n'anwụ ka e siri nweta ilu a.	ịma ihe o kwesịrị ime n'ọnọdụ ọbụla ọ hụrụ onwe ya.
81.	Okenye na-eji anya eke anụ dị n'ofe.	A na-eji anụ maọbụ azụ were na-esi ofe iji were mee ka ofe ahụ tọọ ụtọ. Mgbe ọbụla e kunyere mmadụ ofe ka o were rie nri, a na-etinyekwa ya anụ. Ọ bụrụ na e richaa nri, a taa anụ dị n'ofe. Ọ bụrụ na a dị ọtụtụ rie nri, a na-eke anụ e tinyere n'ofe. Okenye sokwanụ were rie nri ahụ na-ama otu a ga-esi kee anụ ahụ. Ọ bụ site n'ọnọdụ ịdịnaotu wee rie nri n'udo kpatara e jiri siri n'ofe e ji elo ụtara were nweta ya.	Uche ka mmadụ ji eme ihe.

82.	A yịa ka a ha wee bụrụ ọgbọ a yịa ka a ha were nwee uche.	Ọ bụ site n'omenaala ọgbọ (age mate) ka ilu a siri pụta. N'ala Igbo, ndị Igbo na-enwe otu ọgbọ (age group) ma na-emekwa ọgbọ. Ndị bụ ọgbọ bụ ndị a mụkọrọ ọnụ n'otu oge. Ndị a mụrụ n'agbata afọ abụo maọbụ atọ na-anọkọ n'otu ọgbọ. Olileanya bụ na mmadụ kwesịrị ka ọ na-eme ihe ndị ọgbọ ya na-eme	Ihe na-ekwesị ekwesị.
83.	A naghị akpọ onye ohi agafe n'ubi.	N'oge gboo, akaọrụ e jiri mara ndị Igbo bụ ịkọ ugbo, ịrụ ọrụ ugbo. Ugbō bụkwanụ ebe a na-arụpụta ihe a na-eri eri dị ka ji, ede, akpụ, ọka, akịdị, ụgbọgịrị, egwusi, dgz. Ihe e jikwanụ ama onye bụ ọgaranya n'oge ochie bụ onye kacha eme	Ọ dịghị mma ka e nye onye ihe ọjọọ ohere chaachaa na ndụ maka na ọ ga-eji ya were mebie ihe.

		nke ọma n'ịrụpụta ọrụ ugbo. N'ihi nke a, ihe àkụ akụ na ihe enwe enwe niile nke onye Igbo, bụ ihe e wepụtara n'ubi. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a ka ilu a siri pụta.	
84.	Ohù hụrụ ka e ji mbazụ were na-eli ohu ibe ya were na-anwụ n'ọchị, chetakwa na ọ bụ otu ahụ ka ọ ga-adị ya n'ụbọchị nke ya.	Ohù bụ onye e rere ere. Onye zụtakwaranụ ya na-eji ya eme ihe masịrị ya. A naghị akwanyere ohù ùgwú a na-akwanyere onye abụghị ohù. N'oge gboo oge a na-enwe ohù, ọ bụrụ na ohu nwụọ, a naghị eji ọgụ (hoe) egwu ili ya. Ọ bụ mbazụ (digger) ka e ji egwu ili ya iji were gosi na o nweghị ugwu ọbụla mmadụ (nwaafọ) kwesịrị inwe. Otu ụdịrị omume ka a na-emeso ohù niile. Ọ bụ site n'otu e	Echiche ọbụla mmadụ na-echere mmadụ ibe ya bụkwuazị onwe ya ka ọ na-echere ya.

		siri were ohù na kwa ụdịrị àgwà a na-akpasa ohù ka e siri nweta ilu.	
85.	Akwa nwa bụụrụ okokporo ala adịghị mma.	Okokporo bụ nwaokorobịa alụbeghị nwaanyị. O nweghị nwa maka na ọ bụ onye lụrụ nwaanyị na-amụta nwa. Ọ na-ahụta akwa nwa dị ka ime mkpọtụ na inye nsogbu ma bụrụkwa nke na-ekwesighị ekwesị. Ọ bụ site na ndụ okokporo ka e siri nweta ilu a.	Ihe ọbụla na-agbasaghị mmadụ anaghị ewute ya.
86.	Ọ bụ ka a hụtachaa ka mgbọ ji atụ enwe n'isi.	E nwetara ilu a site na ndụ enwe na kwa ka o si amagharị n'elu osisi. Enwe na-amagharị n'elu osisi ebe ọ na-anọ were na-ahụ ihe niile. Mana ka ọ na-amagharị ka dinta na-ede ya ma na-achọ otu ọ ga-esi gbaa ya	Mmadụ kwesịrị ka o leghara ihe ụfọdụ anya.

		egbe ma gbatuo ya n'ala.	
87.	E nye nwata ihe karịrị ya, ọ jụọ ma e nyere ya ka o nye onye.	Ndị Igbo nwetara ilu a site n'omume nwata na kwa ka nghọta nwata ha. Nwata bụ obere nwa na-eto eto. Otu ọ ha ka uche ya ha. Ihe ọbụla a na-enye ya bụkwa ihe ha abụọ ha. E nye nwata ihe abụghị maka nwata, ọ gaghị ama maka ya. Ọ na-eche na ọ bụghị maka ya.	Ọ bụrụ na mmadụ nweta ihe ọ tụghị anya ya, onye ahụ na-egosipụta nnukwu obiụtọ.
88.	Ọha amaghị onye ụwa nyịrị.	Ọha pụtara igwe mmadụ. A naghị ama onye bụ onye ma imirikiti mmadụ jupụta. Ọ bụrụ na ọtụtụ mmadụ nọdụ maọbụ jupụta, a naghị ama onye ihe na-ahịara ahụ maọbụ onye nọ na nsogbu. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	Ihe onye ọbụla na-eme dịịrị ya n'ihi na onye ọbụla nọ na nke ya n'ụwa a.
89.	Ọ bụghị	Mmadụ isaghesị	A na-eji nwayọọ

	nchakasị anya ka e ji ahụchasị ụzọ ike.	anya ike maọbụ chichịpụta anya ya ka a maara dị ka nchakasị anya. Ọ bụghị ụdịrị agwa ahụ na-eme mmadụ ịhụ ụzọ nke ọma. Onye na-ele anya otu Chukwu siri kee ya na-ahụ ụzọ nke ọma na kwa otu kwesịrị ekwesị. Ọ bụ site n'otu e si ele anya n'ụzọ dị iche iche ka e siri nweta ilu a.	eso ụwa.
90.	Nwokorobịa enyi ya nwaanyị na-eri mkpụrụji ya sị na ọ dị ya ka ọ na-akọnye ha n'àlà.	N'ala Igbo, mkpụrụji bụ ji a na-akọnye n'ala iji were nweta ji ọhụrụ ma nwekwaa ọtụtụ ji. Onye enweghị mkpụrụji agaghị akọnyenwu ji n'ala. Maka na o nweghị ji ọ ga-akọnye. N'ala Igbo, a na-eri nnukwu ji ma na-edowekwa mkpụrụji maka ịkọnye ha n'ala	Mmadụ na-ala n'iyi o chee na ihe ọ na-eme dabara adaba.

		ma oge ọrụugbo ruo. Onye enweghị mkpụrụji na-agba aka ji ma bụrụkwa onye ụbịam. N'aka nke ọzọ, mkpụrụji na-atọkwa ụtọ nke ukwu karịa nnukwu ji. Ọ bụrụ na nwokoroọbịa buru mkpụruji o nwere na-ebunye enyi ya nwaanyị, o chee na ọ na-eme ihe dabara adaba. Mana ọ maghị na ọ bụ ọnwụ ya ka ọ na-akpọ oku. Maka na ọ bụrụ na enyi ya nwaanyị richaa mkpụrụji ahụ, ọ hapụ ya sowe onye ọzọ. Ọ bụ site na ndụ nwokorobịa banyere ime enyi nwanyị ka e siri nweta ilu a.	
91.	Kelee onye ntị chiri, ọ bụrụ na elu anụghị ya, àlà ga-anụ	Onye ntị chiri bụ onye anaghị anụ ihe mmadụ na-ekwu. Ntị ya	Ọ dị mma ka mmadụ mee ihe o kwesịrị ime.

	ya.	kpọchiri akpọchi. Ekele ọbụla maọbụ ihe ọbụla a na-agwa ya bụ nke ọ naghị anụ. E nwetara ilu a site n'akparamagwa onye ntị chiri anaghị anụ ihe mmadụ na-ekwu.	
92.	Ewu nwaogbenye bụ ehi ya.	Ọ bụ onye enweghị ihe ka a maara dị ka nwaogbonye. Ihe ọbụla nwaogbonye nwere na-adị ya ebube. Ọ na-ejidesikwa ihe ahụ ike n'ihi na ọ bụ ya bụ nke o ji aka. N'oge gboo, n'ala Igbo, ma ewu, ma ehi, bụcha anụ enunu. Onye Igbo nwere ehi mgbe ochie bụ ọgaranya karịa onye Igbo nwere ewu. Ewu bụkwuazị nnukwu anụ enunu n'ala Igbo.	Ihe mmadụ nwere na-eju ya afọ n'ihi na nke onye na-ekwesị ya.

		N'ihi ya, onye ọbụla na-akpa ewu na-ahụtakwa ya ka ehi ya. Ọ bụ site na ndụ nwaogbenye ka e siri nweta ilu a.	
93.	Okoosisi daruo ala, ụmụnnụnụ eju ọhịa.	Nnụnụ na-ebi n'elu osisi. Ọ bụrụkwanụ na osisi daa maọbụ e gbutuo ya, nnụnụ ndị na-ebere n'elu ya maọbụ bi n'elu ya efesasịa. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka ilu a siri pụta.	Ihe ọbụla mere onye ọbụla selitere isi n'ụwa nwere ndị nọ ya n'akụkụ ọ ga-emetụtarịrị.
94.	Ọ bụ iko onye ji ama ka a ga-eji mara ya.	Ndị Igbo na-esi n'ihe ọbụla ha na-eme na ndụ were na-enweta ilu. Iko (measurement cup) bụ ihe ha ji àmàta otu ihe ha nwere dị ka ụkwa, alịbọ, garị, osikapa, akị, egwusi, ahụekere dgz, ha na nnukwu. Ha jikwa iko were na-ere ihe ndị a n'ahịa. Ọ bụ site	Ọ bụ ihe onye na-eme ka e ji akwụ ya ụgwọ.

		n'ọrụ iko na-arụ ka e siri nweta ilu a.	
95.	Ọhịa ọbụla nwata kpatara ejula ka anya ya na-aga mgbe niile.	N'oge ochie, a na-aga ọhịa ejula, ya bụ mkpa ejula. Ọhịa ejula bụ ebe a ga-enweta ejula n'uju maka oriri na kwa orire (ire n'ahịa). Uche nwatakịrị na-adị mgbe ọbụla, n'ebe ahụ ọ na-enweta ejula. Ọ bụrụ na o si n'akụkụ ebe ahụ gafee, anya ya na-aga n'ebe ahụ ọ na-akpata ejula. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka ilu a siri were pụta.	Ọ bụ ebe mmadụ na-enweta ihe ga-abara ya uru ka ọ na-aga.
96.	Ihe nwaanyị riri were kweta bụ afọime.	Ihe ndị gboo ji were mara ụmụnwaanyị bụ 'ori agọ' n'ihi na ọtụtụ ihe ụmụnwaanyị na-eme, ha anaghị ekweta na ha mere ya. O nweghị nwaanyị na-ekweta na	Ịgọ agụgọ adighị n'eziokwu a hụrụ anya.

		nwoke na-edina ya, I jidegodu ya n'ebe nwoke na-edina ya, ọ naghị ekweta. Mana ọ bụrụ na ọ dị ime, afọime ya pụta, ọ gaghịzi agọ agụgọ na nwoke anaghị edina ya maka na ọ bụ nwoke tụbara ya ime ahụ ọ dị. Ọ bụ site n'omume ụmụnwaanyị ka e siri nweta ilu a.	
97.	A naghị ere ọkụkọ ọkpa gbajiri, n'ụlọ.	E si n'ọkụkọ were nweta ilu a. Ọkụkọ bụ nnụnụụlọ. Ọ bụ otu n'ime anụ enunu ndị Igbo. Ọkụkọ ọkpa gbajiri bụ ọkụkọ ahụ ezughị oke. Ndị ụlọ na ndị agbataobi maara ọkụkọ ọkpa gbajiri n'etiti ha. E ree ya n'ụlọ, a gaghị ereta ya ego, maka na a maara na ọkpa gbajiri ya. Mana e	Ọ bụ onye ezi ka a na-ezoro ihe na-eme n'ụlọ n'ihi na ndị ọbụla maara otu ihe ha nwere dị na ka ha ha.

		were ya gaa ebe ọzọ ka e ree ya, a na-anwụ ya n'aka. A nwụrụ ya n'aka, a naghị ama na ọkpa gbajiri ya. Nke a ga-emekwa ka e reta ya ego.	
98.	Ime na-eme ogori na-eme di ya.	Nwaanyị dị ime, di ya anọrọ n'echiche. Nwoke na-alụ nwaanyị ma bụrụkwa onye tụbara nwunye ya ime na-anọkwu na nnukwu echiche ma sorokwa nwunye ya na-arịọ Chukwu ka nwunye ya mụọ nwa n'udo. Ọ bụ site n'ihe nwaanyị na-agabiga ma ime na-eme ya na kwa nnukwu echiche di ya na-anọ n'ime ya n'ọnọdụ ahụ ka e siri nweta ilu a.	Ọnọdụ ọbụla mmadụ nọ na-emetụta onye nke ya.
99.	Nnụnụ tụọ nkwe, a mara n'osisi ọ ga-	E nwetara ilu a site na ndụ nnụnụ. Ụdịrị ilu a gosiri	A na-esi n'omume mmadụ were na-

	ebe.	na ndị Igbo bụ ndị na-eleru anya ala na ndụ ha na kwa okirikiri ha. Nnụnụ bụ anụ na-efe n'elu. Ọ bụkwa anụ na-ebe n'osisi ma na-ebikwa n'osisi. Ọ bụrụ nnụnụ na-efe n'elu, ọ chọọ ibere n'osisi, ọ kwụsịlata ifesi ike (ịtụ nkwè) ma were nwayọọ benye n'osisi ọ chọrọ ibere na ya. Ọ bụ site n'otu ahụ nnụnụ si eme tupu o bere n'osisi ka e siri nweta ilu a.	amata uche ya.
100.	Ọ bụ otu eze nwaanyị (woman's teeth) dị ka ọ na-ajara di ya.	Ịja eze bụ mmadụ ịchịpụta eze ya maọbụ gosipụta eze ya ka a hụ ya. Ọ bụkwa nkwenye ndị Igbo na ihe ọbụla nwaanyị na-eme bụ di ya ka ọ ga na-emere ya. Nwaanyị igosi eze ya bụ di ya ka	Ọ bụ ihe mmadụ nwere ka ọ na-enye. Mmadụ anaghị enye ihe o nweghị.

		ọ ga na-egosi ya. Eze nwaanyị bụ maka di ya. Ọ bụ site n'ụdịrị àgwà a ka e siri nweta ilu a.	
101.	Nwoke lụrụ nwaanyị tara ahụ maara otu e si ejide ya aka.	E nwetara ilu a site n'ọnọdụ alụmdi na nwunye n'ala Igbo. Nwoke lụrụ nwaanyị bụ ya na-edina nwunye ya. Ọ bụkwa ya na-amakụdo nwunye ya. Ọ bụkwa ya maara otu o si amakụdo ya.	Ọ bụ naanị onye nwe ihe maara maka ihe ahụ o nwere.
102.	Ọ bụrụ na anyụ amighị, nwaanyị dị ime erie gịnị?	Anyụ (cucumber) bụ ụgbọgụrụ (Telfaria Occidentalis or pumpkin) na-amị ya. Ọ bụ nkwenye ndị Igbo na anyụ na-edozi ahụ ọkachasị ahụ nwaanyị dị ime. Na ọ bụrụ na nwaanyị dị ime na-eri anyụ na ọ na-edozi ya na nwa o bu n'afọ,	Ihe emeghị otu o kwesịrị isi were mee, nsogbu adị.

		ahụ nke ọma .Ọ bụ site na nkwenye dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
103.	A sọkarịa eze anya, e kpuru nkata n'isi gwa ya okwu.	Eze bụ onye na-achị obodo. Ọ bụ ihe ọbụla o kwuru na-eme ma bụrụkwa nke a ga-eme. Ọ bụkwa otu o siri chọo ka obodo ya dị, ka obodo ya ga-adị. A naghị agbagha ya okwu. O nweghị onye na-akwụnwu n'ihu eze were gwa ya okwu, n'ihi ọsịsọ a na-asọ ya. N'iji were gwanwuo eze okwu, a na-eji ihe dị ka nkata (basket) kpuchie ihu were gwanwuo ya okwu. Ọ bụkwa siten'oghere na-adịgasị na nkata (basket) ka okwu si n'ọnụ onye ahụ ga-esi were na-apụta ma	Ihe mekarịa mmadụ, ọ zọwa onwe ya.

		bụrụkwa ebe onye ahụ kpu ya ga-esi na-ele anya ma na-ahụkwa eze ọ na-agwa okwu. Ọ bụ site n'ụdịrị ọnọdụ dị otu a ka ilu a siri pụta.	
104.	Otu ọ masịrị mkpụrụaka siri buo ibu, ọ ga-abarịrị n'oghere imi.	E nwetara ilu a site n'otu e si etinye mkpụrụaka n'oghere imi. Mkpụrụaka na-aba n'imi mgbe ọbụla, ọ bụrụ na ọ bụghị maka ịkọ ọkọ, ọ bụrụ maka ihicha imi. Mkpụrụaka ise niile ahụ e nwere na-abacha n'oghere imi. O nweghị mkpụrụaka karịrị oghere imi.	Ihe mmadụ nwere anaghị akarị ya.
105.	Ihe di riri dị nwaanyị ya n'afọ.	Ọ bụ nwoke na-atụwa nwaanyị ime. Nwaanyị dịkwanụ ime, afọ ya na-ebu ibu karịa ka ọ dị na mbụ. Ọ bụkwa site n'ime nwaanyị dị na	Mbọ niile mmadụ na-agba nwere onye ọ na-agbara ya.

		kwa afọime ya pụtara ìhè ka e si amata na nwoke na-enyeju nwunye ya afọ. Maka na ọ bụrụ na nwoke ezughị oke, ọ gaghị atụwanwu nwunye ya ime. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a dị n'etiti di na nwunye ka e siri nweta ilu a.	
106.	Ọkụkọ anaghị echefu onye foro ya ọdụ n'udummiri.	Ọkụkọ bụ anụ enunu nke onye nwe ya na-eleta anya ma na-akpachapurụ anya nke ukwu. N'oge udummiri bụ mgbe ọkụkọ ji arịa ọrịa. Ọrịa ọkụkọ na-egosipụta onwe ya n'ugbene ọkụkọ. Ọdụ ọkụkọ bụkwa ugbene na-emejupụta ya. Onye nwe ọkụkọ na-efopụcha ya ọdụ ka ọrịa ọkụkọ ghara igbu ya. Ọ	Onye anọghị mgbe e mere ihe anaghị ama maka ihe ahụ e mere.

		bụ site n’otu onye nwere ọkụkọ si azụ ya ma na-eleta ya anya ka e siri nweta ilu a.	
107.	Onye anọghị mgbe e liri ozu na-esi n’ọkpa were na-abọ.	Ọ bụ site n’otu ndị Igbo si eli ozu ka e siri nweta ilu a. N’ala Igbo, ọ bụrụ na e lichaa ozu, ọ bụ naanị ndị nọ mgbe e liri ozu ahụ na-amata ebe isi ozu ahụ e liri dị na kwa ebe ọkpa ya dị. Site n’ọnọdụ dị otu a ka e siri were mebe ilu a.	Onye anọghị mgbe e mere ihe anaghị ama maka ihe ahụ e mere.
108.	A wọ nwaanyị ihe ọ hụrụ n’anya, ọ kwụsị ịtụ ime.	E nwetara ilu a site n’agwa nwaanyị na ndụ nwaanyị. Ụmụnwaanyị bụ ndị ihe ọma na-adị mma. Mgbe ọbụla i nyere ha ihe ha na-achọ, ha na-enwe ọńụ ma mekwaara gị ihe ị chọrọ ka ha meere gị. Mana i nyekwanụ ha ihe anaghị adị ha	Ihe ọbụla mmadụ na-eme nwere ihe kpatara o ji eme ya.

		mma, okwu agaghị adabara gị na ha. Ihe ọbụla ị gwara ha, ha ajụ ime ya ma mekwaa ka ị ńụọ mmiri ghara ịtọgbọ iko.	
109.	Esemokwu di na nwunye na-ebi n'ute.	N'oge gboo, ọ bụ ute ka ndị Igbo na-edina n'elu ya. Ọ bụkwa n'elu ute ka di na nwunye na-edina onwe ha. Mgbe ọbụla di na nwunye na-edina onwe ha n'ute (mat), esemokwu ọbụla dị n'etiti ha bụ nke na-ada mmiri. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e sri nweta ilu a.	Nsogbu ọbụla dapụtaranụ nwere otu a ga-esi were dozie ya.
110.	Onye ji akwụ nye nchi n'ihi na nchi anaghị arị elu.	E nwetara ilu a site na ndụ nchi (grasscutter). Nchi na-ata akwụ, mana ọ naghị arịnwu elu dị ka anụọhịa ụfọdụ. Ọ bụ nchi hụ akwụ n'ala. ọ taa. Ọ	Onye nwere ihe nyetụ onye enweghị.

		gaghị arịnwu elu gaa kpata akwụ ọ ga-ata	
111.	Nkịta richaa nsị eze eree ewu.	N’oge ochie, nkịta Igbo na-eri nsị. Nsị bụ ihe enweghị uru ọ bara n’ahụ mmadụ, mmadụ si n’ike ya were na-anyụpụta. Ọ na-asọ oyi. Ọ naghịkwa adị mma ile anya. Mana eze nkịta na-eri nsị na-aka adị ọcha karịa eze ewu anaghị eri nsị. Ọ bụ site n’ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	Mmadụ ịta ahụhụ ihe onye ọzọ metara.
112.	Ogori nwaanyị dabere na di, o were mma na-egbuji okwu.	N’ala Igbo, di na-eleta ma nwunye ya, ma ụmụ ya, anya. Di na-akwụdosiri nwaanyị ike n’ihe ọbụla ọ na-eme. Ọ bụ ya ka e ji ekwu na di bụ okpu eze nwaanyị kpu n’isi. Nwaanyị cheta na	Onye ọbụla nwere onye kwụ ya n’azụ anaghị atụ ụjọ n’ihe ọbụla ọ na-eme.

		di ya nọ ya, o nwee ọnụ okwu ma na-ekwu okwu otu o siri masị ya n'ihi na ọ maara na o nwere onye kwụ ya n'azụ. Ọ bụ site n'echiche dị otu a na ndụ dị otu a ka ndị Igbo si were nweta ilu a.	
113.	A naghị akọrọ anya akọrọ na ya na imi bụ nwanne.	Ọ bụ site n'otu anya na imi si emekọrịta ka e siri nweta ilu a. Maka na ọ bụ anya bewe, imi ebewe. O nwekwuazịrị oghere jikọrọ imi na anya, ọnụ. Mgbe ọbụla anyammiri na-agbapụta imi na-arịpụtakwa.	Onye ọbụla maara ihe ma ihe bụ nke ya.
114.	Ihe e ji were aka naabọ na-ebu arụsị bụ ka a kwanyere ya ùgwù, ọ bụghị na e were otu aka buru ya ọ waā n'afa.	Ọ bụ site n'ụdịrị agwa a na-akpaso arụsị na kwa otu ndị Igbo si were arụsị ka e siri nweta ilu a. Arụsị bụ ihe ndị Igbo kwenyere na o	Onye ọbụla kwesịrị ka e nye ya ùgwù ruoro ya.

		nwere ike pụrụ iche. Ọ bụkwa nkwenye ndị Igbo na arụsị na-egbu mmadụ ma na-echekwaba mmadụ. A na-eji osisi maọbụ ihe ọbụla were mee ya. Ọ naghị adị arọ n'obubu. Mana, a na-ebu ya, a na-akwanyere ya ùgwù n'ụzọ pụrụ iche.	
115.	Nwaanyị ji ịra anya aja di ya mma.	N'agbanyeghị mbọ niile nwoke na-agba iji were meta nwunye ya mma, nwunye ya na-ahụta ihe niile ahụ ọ na-eme dị ka ihe o kwesịrị ime ma bụrụkwa ihe ndị o metechabeghị otu kwesịrịnụ. Mgbe niile, ọ naghị ahụta di ya ka onye na-emetacha ihe kwesịrị ime. Ọ bụ site n'omume	O nweghị ihe e meere ndị ụwa ka e meta ha mma.

		nwaanyị na-emeso di ya ka e siri nweta ilu a.	
116.	Okwu e kwuru ekwu bụ uche a hurụ anya.	Ọ bụ site n'okwu ọnụ ka e si amata ihe mmadụ chọrọ ime maọbụ ihe mmadụ mere, maọbụ ihe mmadụ bu n'uche. Ọ bụ ste na nghọta dị otu a ka e siri nweta ilu a ma na-atụkwa ya.	Ọ bụ site n'akparamagwa mmadụ ka e ji amata ụdịrị mmadụ onye ahụ bụ.
117.	Ọkụkọ nyụrụo ala, o bere n'elu.	E nwetara ilu a site na ndụ ọkụkọ bụ anụ enunu a na-akpa n'ụlọ. Ndị Igbo bụ ndị na-eleru anya n'ala were na-achọpụta ihe dị omimi. Ọkụkọ bụ anụ na-amakpu n'ala. Ọ bụkwa n'ala ebe ahụ ọ na-anọ ka ọ na-anyụ nsị ya. Mana ọ bụrụ na ala ebe ahụ ọ na-amakpu, a zaghị ya aza, ọ na-ahapụ ya ga bere n'elu. Ọ bụ	Onye mee ihe ọjọọ, ọ gbawa ọsọ o nweghị onye na-achụ ya.

		site na nchọpụta na kwa echiche ha dị omimi banyere ọkụkọ ka ụdịrị ilu okwu a siri pụta.	
118.	Mmiri na-ama mkpu na-aghụ ya àhụ.	Mkpu (Anthill) bụ aja kwugolitere elu n'ime ọhịa. Mmiri na-ama ya, ọ naghị awụze maọbụ gbazee. Ọ na-ekwekerekwa n'ebe ọ kweke. Ọ naghị eto eto, ọ naghịkwa ada ada. Ọ bụkwa ahụhụ na-akpụkọ ya. Site n'ihi nke a, ndị Igbo wee were ya mebe ilu.	O nweghị ihe a ga-emetanwu onye aka ya dị ọcha.
119.	Nri egbe riri lara ugo n'ahụ.	Egbe na ugo bụcha nnụnụ ọhịa. Mana, ugo mara mma karịa egbe. Mgbe ọbụla a hụrụ egbe, ọ naghị adị mma n'anya ka egbe. Ọ na-adị ka ọ bụ egbe na-eri ihe, ọ naghị edo ahụ. Na ihe niile ọ na-eri	Ahụ anaghị adị onye ihe ọjọọ mma.

		na-edozi ugo ahụ n'ihi ụdịrị mma ugo na-ama. Ọ bụ site n'ọdịdị ha abụọ ka e siri nweta ilu a.	
120.	Akụ ọbụla nwatakịrị jiri gbagbuo anụ, ọ bụ okenye pịara ya.	Ọ bụ ụta (bow) ka e ji agba akụ (arrow). Ndị Igbo jikwanụ ụta na akụ (bow and arrow) were na-achụ nta anụ n'oge gboo. Akụ bụ osisi ka e ji apị ya. Ọ na-abụ a pịchaa ya, ọnụ ya adị mpịmpị ka ọnụ ogwū. Ọ bụkwa okenye ga-apịnwu ya bụ osisi ka ọ ghọrọ akụ. Ọ pịchaa ya, o nye ya nwata, nwata ewere ya gbawa nta anụ. Ọ bụ site n'ọrụ akụ na-arụ n'iji were chụo nta anụ ka e siri nweta ilu a.	Onye ọbụla mere ihe were meta ya nke ọma nwere onye kuziere ya maọbụ gosi ya ụzọ o jiri soo ihe ahụ.
121.	A tụpụta nkịta akpị e gosi ya ka ọ ghara ịdị ya ka a tụrụ ya	Akpị (tick) na-atado nkịta n'ahụ ya. Onye nwe nkịta hụ ya, ọ na-	Ọ na-adị mma ka a gwa mmadụ mmehio ya n'ihu ya.

	mbọ.	atụpụ ya maka na akpị ahụ bụ ọbara ka ọ na-amị nkịta ahụ. Ọ bụrụ na a tụpụta nkịta akpị n'ahụ, ọ na-afụ ya ụfụ. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
122.	Ọnwa tiwe ije agụwa agadi.	Ọnwa bụ n'abalị ka ọ na-eti. Abalị na-agba ọchịchịrị. Ìhè anaghị adị n'abalị. Chi jie, ebe niile abụrụ ọchịchịrị. Mana, mgbe ọbụla ọnwa pụtara n'abalị, ìhè na-adị. Ìhè dịkwanụ n'abalị, ngagharị, ipụ ọrịrị, igwuri egwu na ịgbagharị n'abalị agụwa onye ọbụla ma ndị merela okenye. Ọ bụ ihe dị otu a kpatara e jiri nweta ụdịrị ilu a.	O nweghị onye ihe dị mma anaghị adị mma.
123.	Oji egbe agba jioko chetakwa na ụganị na-	Ọ bụ site na jioko (plantain) ka e siri nweta ilu a. Jioko	Onye ọbụla nọ n'uju kwesịrị ịmata na ihe ụwa

	abịa.	bụ mma ka e ji egbutu ya. Mana i jizi egbe were gbatuo jioko bụ igosipụta okomoko na kwa ihe ịdị n'uju. Oge ụganị bụ oge nri na-akọ nnukwu ụkọ. Oge dị otu a na-abụkanarị mgbe a kọnyechara nri n'ala. Jioko (plantain) n'onwe ya nwekwara mgbe o ji amị na kwa mgbe o ji akọ ụkọ. Ọ naghị adịkwa mgbe ọbụla n'afọ. Oge ya ruo, ọ mịa ma kaa maka oriri. Onye jikwanụ egbe agbatu ya mgbe ọ mịrị ga-amata na o nwere mgbe ọ gaghị amị ma ya fọdụzikwa iji egbe were gbatuo ya.	anaghị adịgide. Ụwa bụ ọ gaa n'ihu, ọ gaa n'azụ.
124.	A naghị ajara nkịta ike ọsọ n'ihi na ọ	Nkịta bụ anụụlọ e jikwa ịgba oke ọsọ were mara.	Onye enweghị ọtụtụ ihe na-esogbu ya na-

	naghị agba awakwa ọgọdọ.	N’ezie, nkịta bụ anụ na-agba ọsọ n’ụzọ pụrụ iche. Ọ bụrụ na nkịta chụwa anụọhịa, ụdịrị ọsọ ọ masịrị anụọhịa ahụ gbaa, nkịta ga-achụkwudorịrị ya. N’ime anụ niile Chukwu kere, ọ bụ mmadụ bụ anụ na-eyichi ọtọ ya (his nakedness). Ma nkịta ma anụ ndị ọzọ gbacha ọtọ. Ọ bụrụkwanụ na mmadụ na-agba oke ọsọ, ọ na-akpachapụ anya ịhụ na ọgọdọ maọbụ akwa o yi n’ukwu atọpụghị. Ọ bụ site n’otu nkịta siri dị na kwa ka o si agba ọsọ ka e siri nweta ilu a.	eme nke ọma na ndụ karịa onye nsogbu juru ahụ niile
125.	Ikwe n’aka gafee nku aka, ọ naghịzị adị mma.	Ndị Igbo bụ ndị na-ekele onwe ha ekele ma na-egosipụta obi nwannne na ịhụnanya site	E mefee ihe ọbụla oke, ọ dị njọ. Ihe ahụ agaghịzị adaba otu kwesịrịnụ.

		n'imetụ onwe ha aka na ijide onwe ha aka dị ka anyị maara dị ka ikwe n'aka (hand-shake). Dị ka omenaala Igbo na kwa usoro ndụ ndị Igbo siri dị, ọ bụ oboaka (palm) na mkpụrụaka ise ka e ji ekwe n'aka. Mana, ọ bụrụ na a hapụ iji ha were kwee n'aka ma jidewezịa okporoaka (arm), a mara na ọ bụghịzikwa n'aka ka a na-ekwe. Ọ bụ site na mmekọrịta nghọta dị otu a ka ilu a siri pụta.	
126.	Ezie m ozi zie ọgaranya, aga m ezi ya mana asị m were ajụ bute ya, aga m ajụ.	Ọgaranya bụ onye jupụtara n'ihe akụ akụ na ihe enwe enwe. Ọgaranya bụ onye nwere ihe, onye ji ihe n'ala Igbo. Ọgaranya bụkwa onye rijuru afọ, dị	Agaghị m eme ihe m agaghị emenwu

		arọ ma nwezuo ihe niile. Ọ bụrụ na a sị ka e were ajụ buru ya, ọ ga-anyịji onye chọrọ ibu ya, olu. Ọ bụ na ya bụ ọgaranya ka e siri nweta ilu a.	
127.	Ọkpa ọkụkọ zọrọ nwa ya anaghị egbu ya.	Ọ bụrụ na nnekwu ọkụkọ yichaa àkwa bụọ ụmụ, ọ na-achịgharị ụmụ ya (uriom ya) maka ịkpanye ha nri. Kwa mgbe niile ka ụmụ uriom nnekwu ọkụkọ na-anọchiri ya ụzọ, ọ na-azọ ha ọkpa na-aga. Ọ bụ site n'otu nnekwu ọkụkọ (hen) si achịgharị ụmụ ya (uriom) na kwa ka o si azụlite ha ka e si were nweta ilu a.	Onye nwe mmadụ agaghị eme ya ihe ka o megbuo ya.
128.	Mmiri kwere, ọnwa tiwe.	Ọ bụrụ na mmiri chọọ izo n'abalị, mgbe ọwa na-eti, ọ naghị ekwe ka ihè ọnwa pụta ma	Onye ọbụla chọrọ ime ihe ga na-arịọ ka a ghara inwe ọgbatuhie ọbụla

		chawapụ. Oruru mmiri na-eru n'igwe na-ekpuchi otiti ọnwa. Mmiri ozizo anaghị ekwe ka ọnwa tie maọbụ megharịa ahụ. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	n'ihe ọ chọrọ ime.
129	A naghị ezonahụ ala ozu.	Ọ bụrụ na ndụ pụọ n'ime mmadụ, onye ahụ edina ma tọgbọrọ ka ukwu nkụ. Ọ gaghị emegharịzị ahụ maọbụ kwuo okwu. Onye ọbụla ndụ sikwanụ n'ime ya pụọ abụrụla onye nwụrụ anwụ. Ahụ onye ahụ nwụrụ anwụ bụzị ozu. Ozu ọbụla bụkwa n'ala ka a ga-eli ya n'ihi na ọ bụrụ na e lighị ya, o sigbuo ndị nọ ndụ. Site n'otu ahụ e si eli ozu n'ala ka ilu a siri	Ihe ọbụla Chukwu kere n'ụwa a nwere ihe nwe ya.

		pụta.	
130.	Nwatakịrị rijuo afọ, ọ mata na ofe dị njọ.	Ndị Igbo bụ ndị e ji omenaala iji ofe were loo ụtara (fufu) were mara. Ofe tọrọ ụtọ na-enyere aka iji were rie ụtara nke ọma. Mana, nwatakịrị agụụ na-agụ achọghị ịma ma ofe ọ tọrọ ụtọ maọbụ na ọ tọghị. Ihe bụ mkpa ya bụ ka o rijuo afọ. Ọ bụ oge afọ juru ya ka o jizi amata ma ofe o jiri rie nri ọ tọrọ ụtọ ka ọ bụ na ọ tọghị. Ọ bụ site n'iji ofe rie nri ka e siri nweta ilu a.	Ọ bụ onye nwetara ihe ọ chọrọ na-enwe ọnụ okwu.
131.	Arịrị ka mma n'ụlọ di.	Arịrị (agony) bụ mmadụ inwe oke mwute site n'ihe e mere ya maọbụ site n'ihe mere ya. Alụmdinanwunye siri ike. Ọ bụrụ na nwoke na nwaanyị na-alụ di	Nsogbu ọbụla nwere otu e si eso ya.

		na nwunye enweghị ndidi, diere onwe ha ihe, ha agaghị ebinwu. Iji were binwuo na be di, nwaanyị a na-alụ alụ na-ediri di ya ihe nnukwu, ma nke kwesịrịnụ ma nke na-ekwesighị. Ọ ga-edi ha iji were hụ na o bi na be di ya. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
132.	Nwata kpanahụ ibe ya na nkụ a sị na ọ kpara ya n'ajọ ọhịa.	Ihe ndị Igbo ji esi ihe bụ nkụ. Ọ bụkwa n'ọhịa ka e si akpata ya. Ọ bụ otu onye siri chọta nkụ n'ime ọhịa na-akọwa ka ukwu nkụ ya ga-aha. Mana, n'ajọ ọhịa, nkụ na-ejupụta na ya maka na o nweghị onye maọbụ ndị na-aba na ya akpara maọbụ akpata nkụ. Ajọ ọhịa bụ ọhịa ndị	Igba mbọ na ịga n'ihu nke ọma na-eweta iro na asị.

		obodo anaghị aba na ya ma ma makwaa iwu ka a ghara ịba na ya n'ihi ihe ọjọọ nwere ike ịdakwasa onye bara na ya. Onye egwu kwere banye n'ajọ ọhịa bụ ọ kpakata nkụ, ike agwụ ya n'ihi nkụ na-abụ asụrụ n'ebe ahụ. Ọ bụ site na mkpata nkụ ahụ ka e siri nweta ilu a.	
133.	Nwata mụta ije agwọ, ya mụtakwuo nghagharị ya.	Ọ bụ site na ndụ agwọ na kwa ọdịdị agwọ ka ndị Igbo siri nweta ilu a. Agwọ (snake) enweghị aka na ọkpa mana ọ na-agagharị ma na-akpụkwa afọ n'ala. N'agbanyeghị na o nweghị aka na ọkpa, ọ na-agharịkwa onwe ya. O sigodu n'elu wụtuo n'ala, ọ na-aghagharị	Mmadụ kwesịrị ịdị ezi njikere na ndụ ya.

		ma gbawakwa ọsọ.	
134.	Nkịta sịrị na ọ na-ekelekwanụ onye bịara na be ya, kama na olu ike ekweghị ka a mata nke a.	Nkịta bụ anụụlọ na-agbọ ụja (barks) nke ukwu. Ọ hụ mmadụ, ọ gbọwa ụja wom, wom, wom, nke ga-eme ka olu ya na-ada n'elu n'elu. Ịgbọ ụja anaghị ewepụta olu dị nro. E nwetara ilu a site n'otu nkịta si agbọ ụja.	Agwa ụfọdụ mmadụ na-akpa na-eme ka a ghara ịmata ihe dị mma ọ na-eme.
135	Ụbịam bụrụ uru, ya abịarala m	Ụbịam bụ mmadụ ịbụ ogbenye ọnụ ntụ (Penury). Onye ụbịam bụ onye ụwa siiri ike ma bụrụkwa onye ihe ọ na-eri kọnahụrụ. Ụbịam na-ebute agụụ, ọrịa, oke echiche na iri arịrị. Ọ bụ site na ndụ onye ụbịam maọbụ ndị akpatanwughị ihe ha riri ka e siri nweta ilu a.	Ihe dị njọ adighị mma ịbata na be mmadụ.
136	Nwata maara onye ji nna ya	Iji ụgwọ bụ ibite ihe maọbụ nata	Mmadu anaghị amazucha ihe

	ụgwọ mana ọ maghị onye nna ya ji ụgwọ.	ihe n'aka. Ịnata ihe n'aka na-eme ihere. Nna na-agwa ụmụ ya, onye maọbụ ndị naara ya ihe n'aka ma kwekwa nkwa na ha ga-akwụ ya na kwa mgbe ha ga-akwụ ya. Ọ naghị agwa ụmụ ya onye maọbụ ndị o ji ụgwọ. Ọ bụ site na ndụ nna (father) na kwa ọrụ ya n'ụwa ka ilu a siri pụta.	niile.
137	Mmadụ nwụọ, ihe ọ na-eme anwụọ.	Ọnwụ bụ ndụ isi n'ime mmadụ were pụọ. Ọ bụkwa ihe na-eche onye ọbụla n'ihi na onye ọbụla ga-anwụrịrị anwụ. Onye ọbụla nọ n'ụwa nwere ihe ọ na-eme e jiri mara ya. Mgbe ọbụla ọnwụ bịakwutere mmadụ ka ihe ọ na-eme na-anwụkwa. Maka na onye ahụ	Onye ọbụla nọ ndụ kwesịrị ịmata na ụwa na-aga aga. Na nke onye na-eme ka o mesie ya ike n'ihi na ụwa a abụghị ebe obibi.

		agaghịzi anọ ndụ were mee ihe ahụ e jiri mara ya. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
138.	Nwanza bụ eze n'akwụ ya.	Nwanza maọbụ nza (sparrow) bụ nnụnụ. Ọ na-adị ezigbo obere n'ọdịdị ya. Nza na-epe ezigbo mpe na nnụnụ. N'agbanyeghị na o pere mpe na nnụnụ, akwụ ya bụkwa nke ya. A naghị anapụ ya akwụ (nest) ya maka na o pere mpe. Ọ bụ otu ahụ nza dị ka e siri nweta ilu a.	Ihe mmadụ nwere anaghị akarị ya.
139.	Anya dị nwoke n'ọgụ, dị ya na mgba, nwaanyị emerie ya.	Ịgba mgba na ịlụ ọgụ bụ ihe siri ezigbo ike ma bụrụkwa nke e ji ike na ọkpụkpụ aka were na-eme. O nweghịkwa mgbe nwoke ga na-agba mgba ma na-alụkwa ọgụ n'otu oge n'ihi na	Ọ bụrụ na uche mmadụ achịkọghị ọnụ n'ihe ọbụla ọ na-eme, onye ahụ na-enwe nsogbu.

		ume ya agaghị ezucha ha abụọ. Ọ nwaa anwa mekọọ ha abụọ ọnụ, nwaanyị ọ ka ike emerie ya. Ọ bụ site n'otu ndụ nwoke siri dị na kwa ka o siri kwesị ka ọ dị, ka e siri mebe ilu a.	
140.	Atụrụ na-echeta na o nweghị mpi mgbe ewu sọrọ ya ọnụ.	Atụrụ na ewu bụcha anụụlọ. Ha bụchakwa anụ enunu. Ewu na-enwe mpi mana atụrụ anaghị enwe mpi. Ọ bụghị naanị mmadụ na mmadụ na-enwe nghọtahio. Anụmanụ na-enwekwa nghọtahie. Mpi ka ewu ji alụ ọgụ. Mana, atụrụ na-adịkwa ka ewu anaghị enwe mpi. Ịsọ ọnụ bụ ewu iji ọnụ ya ga dụtụrụ atụrụ n'ụdị ịchọ ya okwu. Ọ bụrụ na esemokwu dapụta n'etiti ha,	Ịkọ ọnụ na mkparị na-eme ka mmadụ chee echiche banyere ụwa ya.

		atụrụ na-echeta na o nweghị mpi eji alụ ọgụ.Ọ bụ site n'otu ahụ ewu na atụrụ siri dị, ka e si nweta ilu a.	
141	Akwa anaghị adị mma na mkpọrọọfịfịọ	Tupu mmadụ egbuo mkpọrọọfịfịọ, ọ ga-achịkọrịrị egbugbereọnụ ya abụọ ọnụ. Mkpọrọọfịfịọ bụ ụda egwu e ji ọnụ eme. A na-eme nke a site n'ịchịkọta egbugbereọnụ abụo ọnụ were ha na-eme ụzụ na-enwe nghọta. Mana onye na-ebe akwa na-eghebe ọnụ ya abụọ oghe were na-ebe akwa. Ọ bụ ya kpatara ọ bụrụ na a sị onye na-ebe akwa kwụsị ibe akwa, a sị ya kwuchie ọnụ maọbụ mechie ọnụ. Ọ bụ site na mkpọrọọfịfịọ ka e	Ihe kwesịrị ka e mee ya n'usoro dị mma.

		siri nweta ilu a.	
142.	Udele na-ebe akwa na mmiri mara ya n'afọ a, ọ rịọtala ụlọ ọ ga-ebi n'afọ ọzọ.	Udele bụ nnụnụ ndị Igbo maara dị ka ajọ nnụnụ. Ọ bụghị anụ oriri. Ọ na-ebi n'elu osisi. O nweghị ụlọ. Ọ naghịkwa arụ ụlọobibi. Udele enweghịkwa onye ọ ga-ebi n'ụlọ ya n'ihi na ọ bụ ajọ anụ. Ọ bụ site na ndụ udele na-ebi ka e siri nweta ilu a.	A gbachị nsogbu nkịtị, ọ dịrị na-aga. Igbochi ya kacha mma.
143.	Ụwa gbanahụ ọkụkọ, ya na nne ya abụrụ enyi.	Ọkụkọ bụ nnụnụụlọ ma bụrụkwa otu n'ime anụ enunu ndị Igbo nwere.Ọkụkọ anaghị agagharị naanị ya. Nnekwu ọkụkọ (hen) na ụmụ ya torola eto na-anọ ma na-agagharịkwa, ma na-akpakwa nri ọnụ. Ọ bụ site n'akparamagwa ọkụkọ na kwa ndụ ọkụkọ ka e siri nweta ilu a.	Ọnọdụ ọjọọ na-akpụghachi mmadụ azụ na ndụ.

144.	Udummiri malite, uche echegbuo onye ụlọ ya na-ehi mmiri.	Udummiri bụ oge mmiri ji ezo kwa mgbe, kwa mgbe. Onye enweghị ezigbo ụlọ, onye elu ụlọ ya tapuchara atapu na-anọ na mwute n'ihi na mmiri ọbụla zoronụ ga-abata n'ụlọ ya. Marakwa na oge gboo, ọ bụ akanya (atanyị), afịrịfọ maọbụ akịrịka ka ndị Igbo ji arụ ụlọ ha. N'ihi na gbamgbam adịghị mgbe ahụ. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ma malite ilu a.	Ọnọdụ ọbụla n'ụwa nwere ndị ọ dịịrị mma ma nwekwaa ndị ọ dịịrị njọ.
145.	A kpaba akụ o zughị, e rie nke a kpatara.	Ndị Igbo kwenyere na ọ bụ mkpata ka a na-akpata akụ. A naghị ebute ya ebute. Ịkpata akụ bụkwa ihe siri ike nke ukwu. Mana ihe ka ịkpata akụ were sie ike bụ idowe ma chekwa	Onye soo ụwa n'ike, ọ nwụọ.

		ya. O nweghịkwa mgbe akụ na-ezu. Mana a na-akpata ya, e werekwa ya na-egbo mkpa. Ọ bụ site na nkwenye dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
146.	A mara ewu a ga-egbu sị manye ya ọgbịrị n'olu.	N'ala Igbo, ewu bụ anụ ụlọ ma bụrụkwa anụ oriri. Ọtụtụ mmemme ndị Igbo na-eme bụ ewu ka e ji eme ya. Ha na-egbu ewu iji were mee mmemme ha. Ndị Igbo na-egbukwa ewu iji were rie oriri. Ọgbịrị bụkwanụ ụdọ a na-amakwụnye ewu n'olu ma kedo ya n'osisi maọbụ n'ihe ọbụla ka ewu ahụ ghara igbapụ. Ewu ọbụla a ga-egbu egbu bụkwa ọgbịrị (ụdọ a hịrị ahị) ka a ga-eji kedo ya n'ihe, ka	Ọ na-adị mma ka a mara ihe a chọrọ ime maọbụ ihe ọbụla a ga-eme ka a na-arụtụ ya aka.

		ọ ghara igbapụ tupu e gbuo ya. Ọ bụ site n'otu e si egbu ewu na ọgbịrị a na-amakwụnye ya n'olu tupu e gbuo ya, ka e siri wube ilu a.	
147.	Iyi egbughị ogori, ọ nara ya nwa ya.	Ọ bụ nkwenye ndị Igbo na iyi (oath) na-egbu mmadụ. Nke a bụ nkwenye ndị Igbo. Onye ńụọ iyi, ọ bụ nkwenye ndị Igbo na onye ahụ ga-anwụ. Onye werekwanụ asị nụọ iyi, iyi ahụ onye dị otu ahụ ńụrụ ga-emerụ onye ahụ, ahụ. Ogori bụ agbara nwaànyị. Ihe ọbụla metụtara nwa nwaànyị mụtara emetụtala ya. Ọnwụ gburu nwa nwaànyị mụtara, egbuola nwaanyị ahụ. Maka, o kwesịrị ka anyị	O nweghị ihe ga-eme ka mmadụ gbanahụ ihe ọjọọ o metara.

		mata na ọ bụ nwaànyị ka a na-amụtara nwa. Ọ bụrụ na ogori meta ihe iyi were ńụọ iyi, ọ gbanahụ iyi ahụ, nwa ya agaghị agbanahụ ya. Ọ bụ site na nkwenye dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
148.	Nwoke anaghị akpọ onye ka ya mma aga na be enyi ya nwaanyị.	Onye nwaànyị na-achọ ka ọ bụrụ enyi ya bụ onye ga-amasị ya ma bụrụkwa onye ga na-egboro ya mkpa ya ma na-enyekwa ya ihe ọ chọrọ. Nwaànyị hụ onye na-eme nke ọma lere ya anya ịhụnanya, ọ na-ahapụka ihe niile ma sowe onye ahụ. Ọ bụrụ na o nwere enyi nwoke ma hụkwa onye na-eme mma karịa enyi ya nwoke, ọ na-ahapụkwa enyi ya	Mmadụ kwesịrị ịma ihe nke ụwa. O kwesịrị ka mmadụ mata ebe ogo ya ruru na ebe ogo ya erughị.

		nwoke ma sowe onye ahụ ma ọ bụrụ na onye ahụ chọọ ịhụnanya ya. Ọ bụ site na mmekọrịta ịhụnanya na-adị n'etiti nwoke na nwaànyị tozurula ihe e ji mmadụ eme ka e siri nweta ilu a.	
149.	Ebe ọ bụ naanị ụmụnwaanyị, ụmụnwaanyị nọ, o nweghị onye na-asị ibe ya nọzie nke ọma.	E nwetara ilu a site n'akparamagwa ụmụnwaanyị na kwa usoro ụmụnwaanyị si etukwu ala na kwa ịkwanyere onwe ha ùgwù. Ụmụnwaanyị bụ ndị na-achịkọ ọkpa ha ọnụ ma ha tukwuru ala iji were mechie ahụ ha ghe oghe ma zonahụ ya anya ọbụla chọrọ ịhụ ahụ ha.	Ndị nghọta ha bụ otu ụdịrị ma hara nha, o nweghị onye na-agbaziri ibe ya maọbụ duzie ya.
150.	Mmiri anaghị ekwoghachi azụ.	Ọ bụ site n'otu mmiri ala (ideghi mmiri, mmiri iyi, ọmambara,	Ihe ga-emerịrị otu o kwesịrị isi were mee.

		oshimiri, anyịm dgz) si aga n'ala ka e siri nweta ilu a. Ụdịrị mmiri ala (mmiri na-ekwo ekwo n'ala) ndị ahụ e depụtachara na-ekwoda ekwoda. Ha anaghị atụgharị maọbụ laghachi azụ. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri wube ilu a.	
151.	E gbuo dike, dike anọchie.	Dike (warrior) bụ onye na-akpa ike nke ọma n'obodo. Ọ bụkwa onye obodo ji anya isi. Ọ bụ Chineke na-eguzobe dike. Mgbe ọbụla oke mmadụ bụ dike nwụrụ, Chukwu na-enyekwa obodo nwe onye ahụ dike ọzọ n'ihi na ọ bụ mmadụ ka e ji akarịsị. Site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	Ụwa ga na-agarịrị n'ihu.
152.	Ọ bụrụ na	Ọ bụ site n'otu	Onye hapụ ihe o

	akụakwụkwọ sị na ọ gaghị aga ije, ikuku eburu ya.	ikuku si ebugharị akụakwụkwọ (leaf) ka e siri nweta ilu a. Akụakwụkwọ (leaf) bụ osisi na-amị ya. Ọ bụkwa akụakwụkwọ na-enye ndo n'ukwu osisi. Ikuku kube, ọ na-ebugharị akụakwụkwọ. Akụakwụkwọ na-amị n'elu osisi. Ọ naghịkwa adị arọ. Ọ na-adị ezigbo fecha fecha (very light). Mgbe ọbụla ikuku kuru, o soro ikuku na-emegharị ahụ.	kwesịrị ime, onye ọzọ emeere ya ihe ahụ.
153.	Ụtọ gị na onye asị bụ ihe ọbụla o kwuru, i kweta.	Onye asị (a liar) bụ onye anaghị ekwu eziokwu. Onye na-asị asị anaghị achọ ka a mata na ọ na-asị asị asị. Ọ bụrụ na onye na-asị na-abịakwute mmadụ mata na onye ọ na-abịakwute amarala na ọ	A na-eleghara ihe ụfọdụ anya ka e were nwee ike mee ihe a chọrọ ka e mee.

		naghị ekwu eziokwu, ọ gaghịzi abịakwute onye ahụ. Ọ bụ site na ndụ onye asị ka e siri nweta ilu a.	
154.	Mgbe ihe hịawara ahụ ka ọ na-ebì.	Ọ bụrụ na e mewe ihe, o siwe ike, e tinyewaga uchu n'ihe ahụ iji were hụ isi ya. Ihe ọbụla a na-eme n'ụwa nwere otu ọ ga-esiriịrị were gafee ma gabiga. Mgbe ọbụla ihe gafere maọbụ gabiga ka o biri. Ndị Igbo nwetara ilu a site n'ihe ha na-ahụ na ndụ na kwa ihe ha gabigara na ndụ.	Ihe ọbụla nwere isinjedebe.
155.	Onye na-elo elo amaghị ihe onye na-ata ata na-ahụ.	Ọ bụrụ na ọnụ tachaa ihe, ihe ọzọ ga-esotazị ya bụ ilo ihe ahụ elo. E loo ya, ọ baa n'afọ. Ihe ọbụla a na-esi n'akpịrị were lodaa n'afọ na-adị ezigbo nro. Ihe a na-elo elo	Onye a na-emere emere amaghị ihe onye na-emere ya ihe ahụ na-ahụ.

		anaghị esi ike maọbụ dị arọ. Ihe ọbụla siri ike e tinyere n'ọnụ bụ nke ọnụ na eze ga-ebugodu ụzọ tarie tupu akpịrị elodaa ya. Ọ bụ site n'usoro ndụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
156.	Onye tụliri nnụnụ elu gosiri ya ebe nne ya nọ.	Nnụnụ nwere nku abụọ o ji efe n'elu. Ọ bụrụ na i tụlie ya elu, kama ọ ga-ada n'ala, o fewara. Ọ bụrụ na nnụnụ fepụ, o do ihu n'ebe nnụnụ ibe ya nọ ma na-eberekwa n'elu osisi nne ya nọrọ mụọ ya. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka ilu a siri pụta.	Ihe ọbụla a na-eme mmadụ bụ ihe ka a na-akụziri ya.
157.	Ero pugodu ma ya fọdụzịa nkata a ga-eji buru ya.	Ero (mushroom) na-epu n'ọhịa. Ndị Igbo na-erikwa ya eri. E ji ya esi nri ọkachasị ofe. Ọ bụkwa nkatà (basket) ka e ji etinye ya ma e si	Ọ bụrụ na e nweta ihe a na-eche, a ga-ama ihe a ga-eji ya were mee.

		ebe o puru were fopụta ya. Ọ bụghị naanị oriri ka a na-eri ero, a na-erekwuazị ya n'ahịa iji were reta ego. Ọ bụ site n'otu e siri were ero na kwa ka e si enweta ero ka e siri nweta ilu a.	
158.	Amụma see, a hụ igwe.	Amụma (Lightning) bụ ihe na-abịa n'ike ka ụcha ọkụ ma mmiri chọọ izo maọbụ ma mmiri na-ezo. Ọ bụ ya na egbeigwe (thunder) na-ejekọ. Ọ bụrụ na mmiri chọọ izo maọbụ nnukwu mmiri na-ezo, urukpu (cloud) anaghị ekwe ka a hụ eluigwe anya. Mana amụma see, ọ na-emeghepụ urùkpù ahụ ma weta ìhè n'elu na kwa n'ala. Ọ bụrụ na nnukwu mmiri na-ezo, ozigbo	Ihe mee mmadụ a mara ka ọ ha.

		amụma sechara (bịachara), ihe ọzọ ga-esochi ya azụ na-abụ egbeigwe. Ọ bụ site n'otu amụma na egbeigwe si eme ka e siri nweta ilu a.	
159.	Azụ eku anaghị ekuta ihe dị n'ofe.	Eku (a wooden ladle) bụ ogologo nnukwu ngaji e ji osisi were tụọ. Ọ bụ ya ka ndị Igbo ji ekugharị ofe, ekute ofe, ekunye ofe, dgz. Tupu ndị ọcha abata n'ala Igbo ma webatakwa ngaji, ma nke dị ogologo ma nke dị mkpụmkpụ, ndị Igbo nwekwara ihe dị ka ngaji ha ji eri nri. Ndị Igbo nwere nkọbọ, nwe eku. Eku bụ ogologo osisi ndị Igbo ji osisi atụ. Ihu eku na-adị ọhọrọ ọhọrọ ma nwee oghere ebe	Ihe a gazighị agazi anaghị amịta ezigbo mkpụrụ ọbụla.

		ihe e ji ya ekute na-adị. Azụ eku na-afụli elu ma mee mkpumkpu. O nweghị ihe ọbụla ọ ga-ekutenwu n'ihi otu o siri dị. Ọ bụ site n'otu ahụ eku si arụ ọrụ ka e si were nweta ilu a.	
160.	A naghị ebo nwatakịrị ibu karịrị ya.	Ibu (load) bụ ihe na-anyị arọ. Onye ọbụla na-ebu ibu bụ onye siri ike. Nwata na-ebu ibu otu ike ya ha. Okenye na-ebukwa ibu otu ike ya ha. Ọ bụrụ na e bunye nwata ibu karịrị ya, ọ nyịgbuo ya. Ibu ọbụla a na-ebo nwata n'isi ka o buru bụ ibu ha abụọ ha, ibu ọ ga-ebunwu. Ọ bụ site na ndụ nwatakịrị banyere ihe ọ ga-emenwu na nke ọ gaghị emenwu ka e siri nweta ilu	O kwesịrị ka e mee ihe n'ụzọ dabara adaba.
161.	A na-egbu	Ọchịcha	Nsogbu anaghị

	ọchịcha, oke ana-ebichi.	(cockroach) bụ ahụhụ na-ebi n'ụlọ mmadụ. Ọ na-ata ata ma na-ebunyekwa mmadụ ọrịa. N'ihi nke a, a na-egbu ya mgbe ọbụla na ebe ọbụla a hụrụ ya. Oke (rat) bụkwa anụ a na-ahụ n'ụlọobibi mmadụ. Ọ na-atakwa ata ma na-ebunyekwa ọrịa. Mgbe ọbụla a hụrụ ya n'ụlọ, a na-egbu ya maka na ọ dị njọ. Ma ọchịcha ma oke, ebe ọbụla ha nọ, ha na-amụ nwa, na-amụbawanye. Ka a na-egbu ọchịcha nọ n'imeụlọ, ka a na-ahụkwa oke na-agbagharị n'imeụlọ. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	agwụ agwụ.
162.	Ọ bụghịkwa nri ahụ a na-	N'ala Igbo, arụsị bụ ihe ndị Igbo	Mmadụ anaghị echekwube n'aka

	enye arụsị naanị otu ugboro n'afọ ka arụsị ji edo ahụ.	kwenyesịrị ike na ọ na-egbu mmadụ, ọ na-azọ mmadụ ma na-echekwaba ma mmadụ ma obodo ọ dị na ya. Osisi, mkpume, ukwu osisi, ọhịa, ekwemkpu, dgz nwere ike ịbụ arụsị. Ọ bụ mmadụ na-emebe arụsị. Arụsị na-erikwa nri. A na-enye ya ewu na ọkụkọ nke a na-egbusara ya ọbara ha. Mana ọ bụghị mgbe niile ka a na-akpụtara arụsị ewu maọbụ nwụtara ya ọkụkọ. Ọ bụrụ na mkpa ya dapụta, e mee ya. Ọ bụkwa onye maọbụ ndị na-ahụ maka arụsị na-eji ewu maọbụ ọkụkọ e nyere ya were sie ihe rie. N'ihi na ọ bụrụ na ha rie, arụsị eriela. Arụsị	a ga-enyere ya maọbụ ọgọ a ga-emere ya iji were bie ndụ ya.

		enweghị ọnụ o ji eri nri. Mana ma osisi ma ọhịa bụ site n'ala ka o si amịta ihe o ji eto. Ọ bụ site n'otu a arụsị (idol) anaghị eso ndị mmadụ were na-eri ihe ha na-eri, ma na-etokwa otu kwesịrịnụ ka e siri nweta ilu a.	
163.	Nwatakịrị mara ihe , o gbuo ihe gburu nna ya, mana ọ maghị ihe, ihe gburu nna ya egbuo ya.	Ndị Igbo sitere n'ihe na-eme na ndụ na kwa ihe ha na-ahụ na ndụ ha were nweta ilu a. N'ezie, ihe ọbụla maọbụ onye ọbụla kpọrọ nne na nna mmadụ asị agaghị ahụ ụmụ ha mụtara n'anya. Onye gburu nna maọbụ nne mmadụ ọ kpọrọ asị, ga-achọkwuazị ụzọ ọ ga-esi memilaa nwa ha mụtara. Ọ bụrụkwanụ na nwatakịrị ahụ akpachapụghị	Mmadụ kwesịrị ịkwụdosi ike n'ụwa ka ụwa ghara ịkwatu ya.

		anya n'ebe onye dị otu a nọ, onye ahụ ga-egbukwuazị nwa ahụ otu o siri gbuo nna ya na nne ya. Maka na onye kpọrọ nna na nne asị na-akpọkwuazị nwa maọbụ ụmụ ha mụtara asị. N'ihi ya, o kwesịrị ka ụmụaka ahụ kpachapụ ụdịrị onye ahụ n'akụkụ. N'ihi ya, ilu a na-akuzi amamihe na ike nkwụcha na ndụ.	
164.	Onye ọbụla ga-egbo ọgụ burugodu ụzọ gboo ịrụ aka.	Ịlụ ọgụ bụ ọnọdụ ebe ndị mmadụ na-eti onwe ha ihe ma na-emerụkwa onwe ha ahụ. Ọgụ anaghị eweta udo. Tupu a lụwa ọgụ, a na-ebugodu ụzọ kọọ ọnụ, baa mba, kwaa aka, rụọ aka n'ọnụ. Ọ bụkwa akparamagwa ndị	O kwesịrị ka e buru ụzọ gbochie ihe n'oge tupu o mebie ihe.

		a na-ebute mkpasu iwe e ji alụ ọgụ. N'ihi nke a, o kwesịrị ka onye achọghị ka mmadụ abụọ lụọ ọgụ ma merụọ onwe ha ahụ gbaa mbọ kwụsịgodu ha ihe mkpasu iwe ahụ dị ka ịba mba, ịkọ ọnụ, ịrụ aka n'ọnụ ka ha ghara ịlụ ọgụ. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
165.	E sowe ụtọ ọgbọnọ, a rahụ n'ukwu adụ.	Ọgbọnọ bụ otu n'ime ihe ndị Igbo ji esi ofe ụtọ. Ọgbọnọ bụkwa mkpụrụosisi. Ọ bụkwa osisi a na-akpọ adụ na-amị ya. Ofe e ji ọgbọnọ e si na-anọ anọ (ofe ọnịnọ) ma na-atọkwa ụtọ nke ukwu. Onye chọkwaranụ ka ọ na-aracha ofe ọgbọnọ maọbụ were ya na-eri nri	E mewe ihe ka e mechaa ya ka o siri dị, a gaghị eme ihe ọzọ.

		kwa mgbe, ga na-anọ n'ukwu adụ mgbe ọbụla ebe ọ ga-enweta mkpụrụ ọgbọnọ. E nwetara ilu a site n'osisi ọgbọnọ bụ adụ na ọgbọnọ.	
166.	Asịrị gụba nwaanyị, o tee uri ọnụ.	Ọ bụ nkwenye ndị Igbo na ọ bụ asịrị ka e jiri mara ụmụnwaanyị. Uri ọnụ bụ ihe nwaanyị na-ete n'egbugbereọnụ ya abụọ iji were chọọ onwe ya mma. Ọ bụkwa nkwenye ndị Igbo na nwaanyị na-ete ihe n'ọnụ bụ nwaanyị nwere ohere. Ọ bụkwa onye nwere ohere na-agba asịrị. Ọ bụ site na nkwenye dị otu a ka ilu a siri pụta.	Otu onye siri dowe ahụ na-egosi echiche ya.
167.	Diochi anaghị ajụ ihe nkwụ ya gbatara.	Ihe a na-akpọ onye ji ite mmanya were mere aka ọrụ bụ diochi. Osisi	Mmadụ anaghị ajụ ihe chi ya nyere ya.

		nkwụ bụkwa ebe diochi si enweta mmanya nkwụ. Ihe ọbụla nkwụ ya (diochi) gbatara, ọ na-eburu ya otu ahụ. E nwetara ilu a site na diochi na ọrụ ya.	
168.	Ihe anụ jiri buru ụzọ bụ isi ya.	Anụ ọbụla, ma anụọhịa, ma anụụlọ nwere ọkpa anọ. Ha na-aga, isi ha na olu ha na-anọ n'ihu ha ma ha na-aga. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	O nweịrị ihe mmadụ jiri kara ibe ya.
169.	Onye na-eri akwa ọkụkọ anaghị ama mgbe o riri uriom na nnekwu.	Ọ bụ nnekwu ọkụkọ (hen) na-eyi akwa (egg). Ọ bụ site n'akwa ahụ ka e si enweta uriom (chick) na nnekwu, n'ihi na ọ bụ uriom ahụ ga-emecha ghọrọ nnekwu maọbụ okeọkpa (cock). A na-erikwa akwa ọkụkọ eri site n'isi ya esi maọbụ	Onye na-eme ihe ga-akpachapụ anya ka ọ ghara imebi ọtụtụ ihe.

		ighe ya eghe. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
170.	Onye chi ya egbughị, o nweghị ihe ga-eme ya.	Ọ bụ nkwenye ndị Igbo na ndụ mmadụ dị chi ya n'aka. Na ọ bụ chi mmadụ na-ekwu ihe mmadụ ga-abụ. E nwetara ilu a site na nkwenye dị otu a. Ndị Igbo kwenyere ma kwenyesịa ike na onye ọbụla nọ ndụ nwere chi nke ya (chi na-eso ya). Na ọ bụkwa chi onye ahụ dowere ya ndụ. Ihe ọbụla mere mmadụ si chi ya n'aka. Ọ bụ nghọta dị otu a n'etiti ndị Igbo kpatara ndị Igbo ji ekwu okwu were na-asị na ọ bụ ebe onye dara ka chi ya kwaturu ya.	Ọ bụ naanị Chukwu ka ndụ anyị dị n'aka.
171.	E mee nwata	Nwata (child) bụ	Imezi ihe emezi

	ka e mere ibe ya, obi na-adị ya mma.	obere nwa na-erubeghị ogo okorobịa maọbụ agbọghọbịa. Ndị Igbo kwenyere na nwa bụ nwa ọha, na ọ bụghị naanị otu onye nwe nwa. Na o kwesịkwara ka a na-ahụ nwatakịrị n'anya n'ebe ọbụla ọ nọ ma hapụkwa imegbu ya. Mgbe ọbụla ka nwatakịrị na-elegara nwatakịrị ibe ya anya ma na-achọkwa ka ọ dị ka nwatakịrị ibe ya. Nwatakịrị na-achọkwa ka e leta ya anya ka e si eleta nwatakịrị ibe ya. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka e siri nweta ilu a.	amaka.
172.	Ọkụkọ ahụla m were puo ezē.	Ọkụkọ bụ nnụnụụlọ. Ọ naghị enwe eze. Ọ bụ ọtụtụ ka ọ na-atụ ihe tupu o loo ihe ahụ. Ọ	Nsogbu ịdakwasa mmadụ mgbe ọ tụghị anya ya.

		naghịkwa ata ihe ata, kama ọ ji ọnụ atụgbu ihe ọbụla ọ chọrọ iri maọbụ loo. Ọ bụ site na ndụ ọkụkọ ka ilu a siri pụta.	
173.	Ọ bụ onye ajọ chi ka mmiri na-afanye n'eze.	Mmiri bụ ọńụńụ ka a na-ańụ ya. A naghị ata mmiri ata. Ọ bụ ihe a na-ata ata bụ ihe na-afanye n'eze. Onye ajọ chi bụkwanụ onye ihe ekwesịghị ime na-adakwasa. E nwetara ilu a site na nkwenye ndị Igbo na ọ bụ chi mmadụ na-eduzi ya n'ihe ọbụla ọ na-eme na ndụ ya.	Ọnọdụ dị njọ ịdapụtara mmadụ na-amaghị ama.
174.	Oje na nwayọọ anaghị emerụ ahụ.	N'ezie, onye ọbụla ji nwayọọ were na-aga ije, na-akpachapụ anya nke ọma site n'ileru anya ala n'ije ya. Agwa dị otu a na-eme ka onye ahụ zeere ihe ga-emerụ ya ahụ dị ka ihe ịkpọ	Onye ọbụla na-akpachapụ anya na ndụ ya anaghị enwe nsogbu.

		ya n'ụkwụ maọbụ maa ya n'ụkwụ. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
175.	Mgbada dara ibi daara dinta.	Mgbada bụ anụọhịa ma bụrụkwa anụ oriri. Dinta (hunter) bụ onye ọrụ ya bụ igbu anụọhịa maka oriri maọbụ orire. Ibi (Hernia) bụ ọrịa na-eme ka akpa amụ oke (male) zaa hara ka mbubo (calabash). Ọ bụ ọrịa na-akpata nke a. N'ihi ya, mgbada ọbụla amụ ya buru ibu karịa otu o kwesịrị ịdị bụ uru dinta. Maka na dinta gbagbuo ya, ihe niile dị mgbada ahụ n'ahụ bụ anụ. Ọ bụ site n'ihe dị otu a ka ilu a siri pụta.	Ọnọdụ ọjọọ nwere onye ọ baara uru.
176.	Nwaanyị lelia	N'ala Igbo, ọ bụ	Mmadụ

	di ya anya, ike akpọọ ya nkụ.	di na-eje alụta nwaanyị, ọ bụghị nwaanyị na-alụta di. Ọ bụkwa di na-eleta nwaanyị ọ lụtara, anya. Ọ bụkwa ihe kwesịrị ekwesị na nwaanyị ga na-asọpụrụ di ya ka di ya nwee ike na-eleta ya anya nke ọma. Ọ bụrụkwanụ na nwaanyị asọpụrụghị di ya, di ya na-eleghara ya anya ma kwụsị ileta ya anya nke ọma. Di ya ga na-ebuwe ya ọnụ ma hapụkwa ịdị na-edozi ya. Ọnọdụ dị otu a ga-eme ka nwaanyị nọrọ na mwute ma mee ka nwaanyị dị otu ahụ tawa ahụhụ ma tawakwa ahụhụ. Ọ bụrụkwanụ na nwaanyị tawa ahụ, ike ya ahụ bụ sọ mma ga-	ekwesighị iji onye na-eleta ya anya nke ọma were gwurie egwu, maka na o mee nke a, o nwee nsogbu.

		amalite takpọwa, hịkpọwa ma kpọwa nkụ. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a gbasara di na nwunye ka e siri wube ilu a.	
177.	A kwawa ngwere ka o si ada elu, nsịegbe agwụ.	Ihe e jiri mara ngwere bụ iri elu osisi na elu aja. Ọsọ ọbụla chụwa ya, o rigoro n'elu osisi maọbụ magoro n'elu aja. Ka ọ na-arị elu ka ọ na-amatu maọbụ na-ada n'ala. Mgbe ọbụla ngwere si n'elu osisi were daa n'ala, a na-eche na ọ nwụọla. Mana ọ naghị anwụ n'ihi na ọ na-abụ ọ daa, ọ malite gbawakwa ọsọ. Nsiegbe ka e ji akwa ozu n'ala Igbo. N'ihi ya, ọ bụrụ na ngwere na-anwụ otu ahụ o si esi n'elu were na-ada n'ala, a mara na nsiegbe e	E mechaa ihe ka e siri chọọ a gbara aka. O nweghịzi ihe ga-afọdụ n'akpa.

		nwere ga-agwụcha. Site n'agwa ngwere a ka ilu a siri pụta.	
178.	Otu ọ masịrị ehi, ya siri taa ahụ, ọ ga-ejuriri abọ.	Ọ bụ site n'otu ehi ha n'ibu ka e siri nweta ilu a. Ehi bụ anụụlọ buru ibu nnukwu. Ọ na-enwekwuazị nnukwu mpi abụọ. N'ihi otu ehi na-aha n'ibu, ihe ọbụla maọbụ ọrịa ọbụla rịara ya anaghị eme ya ka ọ hapụ ịbụ ehi.	Ọnọdụ ọjọọ ọbụla mmadụ nọ na ya anaghị eme ya ka ọ kwụsị mgbalị na ịgba mbọ.
179.	A naghị anọ n'ihu ọgụ were na-apị akụ.	Akụ (arrow) bụ otu n'ime ihe e ji eje ọgụ maka na e ji ya emerụ mmadụ ahụ. Ọ bụ osisi ka e ji apị ya. Ịpị akụ bụ ọrụ nka (work of art). A na-awụsa ma wetuo anya ala ma a na-arụ ya. Ịpị ya na-egbu oge. A pịwa ya n'ebe a na-alụ ọgụ, ọgụ ahụ erie isi onye ahụ na-apị ya. Ọ bụ site	Mmadụ kwesịrị ịkwado onwe ya nke ọma n'ihe ọbụla ọ na-eme maọbụ ihe ọbụla ọ chọrọ ime.

		na nghọta a ka e siri nweta ilu a.	
180.	Odudu ọbụla na-ata enyi na-akọ ya ọkọ	Odudu (tse-tse fly) bụ ahụhụ na-ata ata ma na-amịkwa ọbara. Ọ na-atanyekwa ọrịa n'ahụ. Enyi bụ anụụọhịa kacha anụọhịa niile n'ibu. Otu ọ ha n'ibu anaghị ekwe ya ka ọ mata na o nwere ihe na-ata ya maọbụ ihe tadoro ya. Ọ bụ site n'ihe dị otu a ka e siri nweta ụdịrị ilu a.	O nweghị ihe mmadụ ga-emetanwu onye karịrị ya nke ọma
181.	Onye nwụọ, ihe ọ na-eme anwụọ.	Ọ bụ site n'ọnwụ ka e siri nweta ilu a. Ọnwụ bụ njedebe ndụ. Onye nwụọ, ndụ ya n'ụwa agwụ ma jedebe. Ọ bụkwa otu ahụ onye siri nwụọ ka ihe ọ na-eme ga-esikwa were nwụọ n'ihi na ọ nweghịkwa onye ga-emeta ihe ahụ	Onye ọbụla Chukwu kere nwere ọrụ ọ bịara ịrụ n'ụwa. Ihe ọbụla mere mmadụ ga-emetụtarịrị ọnọdụ ya na ndụ.

		otu ahụ o si eme ya.	
182.	Onye rijuru afọ ji ọkpa esokwara ibe ya ọkụ	Isokwa ọkụ bụ itinye nkụ n'ọkụ. Ọ bụ aka ka e ji esokwa ọkụ, ọ bụghị ọkpa. Ọtụtụ mgbe, ọ na-abụ mmadụ rijuo afọ, ọ na-emegheri emegheri. O malite mewe ihe o kwesịghị na ọ ga-eme. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	Onye ihe dịịrị mma anaghị ama ụdịrị ahụhụ ibe ya na-ata.
183.	Onye nna ya na-ebu isi anụ anaghị ebu agba anụ.	Ọ bụ n'isi anụ ka agba anụ na-adị. Ọ bụkwa n'isi anụ ka e si ewepụta agba anụ. Isi anụ na-ebu ibu mana agba ya na-epe mpe. Ọ bụ onye dị nnukwu ma ruo ogo ibu isi anụ ka a na-ebunye isi anụ. Onye dị obere maọbụ onye a karịrị ka a na-ebunye agba anụ. Onye nna ya	Mmadụ kwesịrị ịma ka ọ ha. Mmadụ ekwesighị ibutu onwe ya ala.

		karịchara ma sorokwa n'isi, anaghị achọ ka o kpere azụ. Ọ chọkwara ka ọ na-eme ihe ahụ nna ya na-eme ma na-ebutekwa ihe kachanụ ma e kewe ihe. Ọ bụ site n'echiche dị otu a na kwa akparamagwa dị otu a ka e si nweta ilu a.	
184.	Gidi gidi bụ ùgwù eze.	N'ala Igbo, eze (king) bụ onye ndị obodo họpụtara ma kpunye ya okpu ka ọ bụrụ onyendu ha. N'ihi na ọ bụ obodo họpụtara ya, obodo na-anọkwa ya nso ma na-abịakwute ya maka otu mkpa (need) maọbụ nke ọzọ. Mgbe niile, mmadụ anaghị akọ n'obi ya (his palace). Mgbe ọbụla ọ pụtara,	Ịdị ọtụtụ were na-eme ihe amaka. Ime ihe n'igwe dị ezigbo mma.

		ndị obodo na-eso ya n'azụ na-adị nnukwu. Otu e si eso ya n'azụ anaghị abụ ka e si eso mmadụ nkịtị. N'ihi na ndị na-eso eze n'azụ na-adị otụtụ. Ọ bụ site n'ụzụ a na-enweta, site n'ịdị ọtụtụ were bịa ihe n'otu oge na kwa n'igwe a na-adị n'ebe eze nọ ka e siri nweta ilu a. Ndị mmadụ na-agakwu eze kwa mgbe ọbụla na-adị ọtụtụ n'ihi na ọ bụ eze na-achị obodo. Ndị ọ na-achị na-achọgakwa ya kwa mgbe kwa mgbe.	
185.	Ọ bụ agụụ kpatara ede ji atọ ka ji.	Ọ gbaghịrị ede na ji. Ji (yam) bụ nnukwu nri ndị Igbo. O nweghị ụzọ e sighị eri ya. E nwere ike isī ya esi, hụọ ya n'ọkụ maọbụ sụọ ya	Ọnọdụ ọjọọ na-eme ka mmadụ mee ihe o kwesighị ime.

		asụ. Mana, ede (cocoyam) adịghị otu ahụ. Ọzọ kwa dị ka ibe ya bụ na ọ bụrụ na e sighị ede nke ọma ma sidee ya, iri ya ga-enye nsogbu maka na ọ na-agbaka agbaka. Mana ji adịghị otu ahụ. Ji ghee, o gheela. Ọ bụ otu a ji na ede siri dị ka e siri nweta ilu a.	
186.	Enyi m agwara m gị agwa bụ ezigbo enyì mana enyi agaara m agwa gị bụ ajọ enyì.	Enyi (friend) bụ onye ya na mmadụ dị na mma. Enyi mmadụ kwesịkwara ka ọ na-abara enyi ya uru site n'igbaziri ya, ịtụtara ya ezigbo aro na iduzi ya n'ụzọ kacha mma ọ ga-eso. O kwesịkwara ka enyi gwa enyi ibe ya eziokwu ka ọ ghara ime ihe ga-eduba ya na nsogbu. Ọ bụ site	O bụ site n'omume mmadụ ka e si amata ụdịrị mmadụ ọ bụ n'ebe mmadụ ibe ya nọ.

		n'ihe a tụrụ anya inweta site n'aka onye bụ ezigbo enyi ka e siri nweta ilu a. Maka na ezigbo enyi kwesịrị ịgbaziri enyi ya, duzie ya ụzọ, ma kwụdosie ya ike n'azụ.	
187.	Nwoke ọbụla jụrụ ịlụ nwaanyị ji ụmụnna ya ụgwọ.	N'ala Igbo, ọ na-abụ nwoke tolite, ọ lụọ nwaanyị. Nwaanyị tolitekwanụ, ọ lụo di. Ihe e jikwanụ alụ di na nwunye bụ ka e were mụta nwa maọbụ mụta ụmụaka. Ọ bụkwanụ ụmụaka, ọkachasị ụmụnwoke, ga-abụkwa nna mgbe ha toro. Ọ bụkwa ụmụnwoke ndị ahụ, bụ ndị otu nnukwu nna jikọrọ ọnụ, na-aza ma bụrụkwa ụmụnna (Kinsmen). Ọ bụrụ na a na-alụta nwaanyị na-	Ọ bụrụ na mmadụ emeghị ihe dịịrị ya, ihe ahụ ga-anọ na-eche ya.

		amụta nwa maọbụ ụmụaka, ụmụnna a na-eto, na-amụbawanye ma na-agakwa n'ihu. Mana, ọ bụrụ na nwoke alụghị nwanyị, ọ gaghị amụta nwa, ọ gaghịkwa enwe nwa ga-eso were mụbawanye ụmụnna. N'ihi nke a, ụmụnna (Kinsmen) chọrọ ka nwoke ọbụla bụ nwanna ha (nwanna ha nwoke otu nna ji ha na ya) lụọ nwaanyị ma mụtara ha nwa. O meghị otu ahụ, ha na-elegara ya anya na o ji ha nnukwu ụgwọ n'ihi na ọ lụbeghị nwaanyị bụ ebe ọ ga-esi were mụtara ha nwa.	
188.	Ebe nwatakịrị na-apụ ọrịrị bụ ebe ọ na-ebute ọnụ mmanụ	N'oge gboo, ihe e ji ama nwatakịrị riri ihe bụ site n'ọnụ ya n'ihi	Mmadụ anaghị eme ihe uru agaghị adị na ya.

	mmanụ.	mmanụ na-adị n'ọnụ ya. Nwatakịrị amaghị ihe bụ ihicha ọnụ ya ma o richaa ihe. Na mgbe ochie, onye Igbo sichaa nri, ọ naghị ebe akwa nri. Ọ na-achọ ka onye ọbụla nọ ebe ọ na-eri nri ahụ soro ya rie nri. Nwatakịrị ọbụla nọkwanụ ebe ahụ bụ nke ọ ga-ekunyere nri maọbụ nye nri. E nyechaa nwatakịrị nri, o richaa, ụbọchị ọzọ ọ pụwakwa ọrịrị n'ebe ahụ maka na ọ maara na a ga-ebunye ya nri ka o rie ma ọ bụrụ na nri dị. Ọ bụ site na ndụ nwatakịrị na kwa omume ya ka e siri nweta ilu a.	
189.	Ụzọ dị mma, a gaa ya ugboro naabọ.	N'oge gboo, ọ bụ ọkpa ka e ji eje ọtụtụ ebe a na-eje	Omume ọma na-eweta ihe ọma.

		n'ihi na ụgbọala adịghị mgbe ahụ. Ụzọ a na-esokwanụ bụ ụzọ ga-enyere aka n'ije, ya bụ a ga-esi were ruo ebe a na-eje. Ọzọ kwa bụ na n'oge ochie, ụzọ niile e nwere bụ ndị nke dịcha n'ọhịa ma jupụtakwa na mkpọrọgwụ osisi, ogwu, mkpume, akpị, agwọ, dgz. Mana ụzọ ọbụla a gara dị mma bụkwa nke a ga na-achọ ka e soro gaa ihe. Ọ bụ ụdịrị nkwenye dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
190.	Ọ bụrụ na a kaa ụtụ, onye ụgwọ akaa ọkpọ.	Onye ụgwọ (debtor) bụ onye na-eje anata ihe o nweghị n'aka onye nwerenụ ma kwekwa nkwa na ọ ga-akwụ ya na kwa oge ọ ga-akwụ ya. Ụdịrị onye dị otu a bụ	Onye ọbụla nwere ụzọ o si azọ onwe ya.

		onye enweghị ihe. O jighị. N'ihi na o nweghị, obi na-adị ya njọ. E kwutara ya okwu iweta ihe, obi anaghị adị ya mma, o sibe ọnwụ, ọ chọwa ka ọ lụọ ọgụ. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
191.	Agụu bịa, ọrịa bịa, ọnwụ adịzịa onye ụbịam ka okpu eze.	Ọ bụ site n'otu agụụ na ọrịa si emekpa ndị mmadụ ahụ, ndị enweghị otu ọ hà ha, ka ndị Igbo si were nweta ilu a. Agụụ bụ ọnọdụ 'a hụghị ihe e riri.' Ọrịa bụkwa ọnọdụ mmadụ inwe ahụ mgbu. Mgbe ọbụla ọ dakwasara mmadụ, ọ na-ajọgbu onwe ya na njọ. Onye agụụ maọbụ onye ụbịam bụ onye atọgbọghị sisi, onye enweghị ego	Nsogbu bịakọjuoro mmadụ, ụwa na-agba onye dị otu ahụ gharịị.

		ọbụla ma ya fodụkwa ịzụtanwu ihe ọ ga-eri. Ọ bụrụ na ọrịa dakwasa ụdịrị onye dị otu a, ọ bụzịkwa ọnwụ; n'ihi na ọ gaghịkwa enwe ego ọ ga-eji zụta ọgwụ maọbụ gwọọ onwe ya.	
192.	Ọ bụrụ na ele sị na ọsọ agaghị ekwe ya were gbaa, ya pụtara ngwere n'ụzọ.	Ihe e jiri mara ele (antelope) bụ ọsọ. Ele bụ anụọhịa na-agba ọsọ nke ukwu. N'ezie, ele na-awụ ọsọ awụ n'ime ọhịa. O nweghị anụ na-ahụ azụ ya anya ma o ruo n'ọsọ. Ngwere (lizard) bụ anụ na-akpụ afọ n'ala nwere ogologo ọdụ. Ọ naghị agbanwu oke ọsọ. Ọ bụ ya kpatara o ji abụ ọsọ chụwa ya, ọ magoro n'ukwu osisi maọbụ n'elu aja. Ọ bụ site n'ụdịrị ọsọ ele na-	Ọ bụrụ na ị chọghị ime ihe ị maara eme e ji wee mara gị, ị chaa n'akụkụ ka onye ọzọ mee ya.

		agba na otu o si agba ọsọ ka e siri nweta ilu a.	
193.	Ijiji sịrị na ọ bụ mgbe ọ maghị ihe ka onye nchiche si n'ama nna ya agafe, na ọ bụrụ ugbua, o feba ya n'imi.	Nchiche bụ ọrịa na-atabi mmadụ ma imi, ma mkpụrụaka, ma mkpụrụọkpa. Onye nchiche tabiri imi, ọ na-eme ka imi onye ahụ ghere oghere nke ga-eme ka a na-ahụ ime ọnụ ya anya. Ijiji (fly) bụ ahụhụ na-efegharị efegharị. Ọ bụ site n'otu o si efegharị ma na-enyekwa ndị mmadụ nsogbu ka e siri nweta ilu a.	Mmadụ ịkwa amakwaara banyere ihe ndị o kwesịrị ime na ndụ ya gara aga, o meghị.
194.	Onye ije ngwa ngwa na-eji abalị ala.	Abalị bụ oge chi jirila. Oge ihe adịghịzị. Ọ bụkwa oge onye ọbụla ji aba na be ya, lakpuo, ma cherekwa ka ìhè dịkwa (ya bụ ka chi fokwa). Onye anaghị enwe ndidi ma o jee ihe, na-akụ mgbanụ ka ọ	O kwesịrị ka e were nwayọọ na-eso ụwa.

		laghachi ebe o siri bịa, ọ sọgodu ya bụrụ na chi na-ejilahụ ya, ọ ga-alaghachiri̱ri̱. Ọ gaghị ekwe rahụ n'ebe ahụ ọ gara. Ọ ga-alari̱ri̱. Ọ bụ site n'otu ahụ ka e siri nweta ilu a.	
195.	Kama mgba ga-abụ ọgụ, mmiri zoo.	Mgba bụ ụzọ egwuregwu na amụ ndị Igbo si egosipụta aka ka aka. Mgba bụ ụzọ egwuregwu omenaala ndị Igbo si egosipụta onye ka ike n'etiti mmadụ naabọ na-egosi na ike ha abụọ ha. Otu e sikwanụ ama onye kari̱ri̱ ibe ya bụ onye bu ụzọ were nwude ibe ya n'ala. A na-akụ aka ma chịkwaa ọchị ma ihe dị otu a mee. Ọ bụ site n'egwuregwu mgba (wrestling) ka e siri wube ilu	Ihe ọbụla ga-emebi ọnọdụ ọma kwesịrị ka ọ bụrụ nke e mebiri.

		a.	
196.	Nwoke ọbụla na-eso nwaanyị, ntutu anaghị afọ ya n'isi	Ndị Igbo nwetara ilu a site n'ọnọdụ ọjọọ na-esi n'ime enyi nwoke na nwaanyị were na-adapụta. Mgbe ọbụla nwoke na-eme enyi nwaanyị, ọ bụ ihe o nwere ka o ji eme enyi ahụ, nke nwaanyị na-achọghị ịma. Ihe ọbụla ọ kpatara bụ nke enyi ya nwaanyị ga na-anakọrọ ya. Nwaanyị ịnakọsị enyi ya nwoke ihe o nwere bụ ịgbawa ya aka. Ọnọdụ dị otu a dị ka ọnọdụ isi na ntutu isi. Ntutu isi na-epupụta n'elu isi. Mana ọ bụrụ na a chọghị ka ntutu dị n'isi, a na-akpụchapụ ya kwa mgbe kwa mgbe.	Nwaanyị na-edufu nwoke ma gbawa ya aka na ndụ.
197.	Ihe e ji ata atụ bụ ka nti	Atụ bụ osisi ka ndị Igbo ji eme	Ihe ọbụla a na-eme nwere ihe

	megharịa.	ya. Ọ bụ atụ ka ndị Igbo ji asacha ma eze ha, ma ire ha, ma ọnụ ha. Mgbe ọbụla ọnụ na eze (teeth) na-atari atụ, nti anaghị ezu ike. Ọ na-emegharịkwa emegharị otu ahụ ọnụ na-ata atụ si emegharị. Ọ bụ site n'otu e si atari osisi atụ a ma werekwa ya na-asacha eze na ọnụ ka ilu a si were pụta.	kpatara e ji eme ya.
198.	Ofeke anaghị ama mgbe e kere nkụ ụkwa.	Nkụ ụkwa bụ nkụ e si n'osisi ụkwa were nweta. Nkụ ụkwa bụ nkụ ọkụ ya anaghị anyụ ngwa ngwa. N'oge gboo, ọ bụrụ na nnukwu oyi na-atụ, ọ bụ nkụ ụkwa ka e ji akwanye ọkụ(fire) n'akụkụ akwa (bed) maka ikpo ụlọ ọkụ. Nkụ ụkwa anaghị enwu gidigidi, ọ	Onye amaghị ihe anaghị ama mgbe a na-aghọgbu ya.

		naghịkwa anyụ ngwa ngwa. Ọ bụkwa nkụ ụkwa ka ndị okenye ji anya ọkụ n'ime ụlọ ha n'oge ochie. N'ihi oke mkpa ọ dị, a na-azọ ya azọ ma a hụ ya. Ọ bụrụ na a hụ nkụ ụkwa, onye nzuzu anaghị ama mgbe ndị maara ihe zọkọọrọ ha ma kerie. N'ihi nke a, nkụ ụkwa bụ nkụ ndị Igbo ejighị egwuri egwu, n'ihi ọrụ ya. Ọ bụkwa site na nkụ ụkwa ahụ ka e siri nweta ilu a.	
199.	Aka mkpụmkpụ ekweghị mbekwu jide ewu.	Mbekwu (tortoise) bụ anụ pere ezigbo mpe. Ọ bụkwa otu ahụ o siri pee mpe ka aka ya na ọkpa ya siri pee mpe. N'ihi na aka mbe na ọkpa mbe etoghị ogologo,	Ọnọdụ dị aghaa mmadụ hụrụ onwe ya na ya anaghị ekwe ya meruo ihe otu o siri chọọ.

		mbe agaghị ewetanwu ihe ọbụla dị ya nso, naanị ma ọ garuru n'ebe ihe ahụ dị. Site n'ọnọdụ dị otu a na kwa ọdịdị mbekwu ka e siri nweta ilu a.	
200.	Ọbịara be m abịagbula m, ọ lawa mkpumkpu apụkwala ya n'azụ.	E nwetara ilu a site n'omenaala ịnabata ọbịa na ileta ọbịa n'ala Igbo. N'ala Igbo, ndị Igbo na-eleta onye ọbụla si ebe ọzọ were chọrọ ha bịa, anya nke ukwu. Olile anya bụ na onye ahụ bịakwutere ha bụkwa onye ji ezigbo obi were bịa na nke ha. Ọ bụrụ na ọ nọchaa lawa ebe o siri bịa ka ọ laghachi n'udo, ka ihe ọbụla ghara ime ya.	Onye emegbula ibe ya. Onye biri ka ibe ya biri.
201.	Egbe bere, ugo bere, nke sị ibe ya ebela, nku kwaa ya.	Egbe (kite) na ugo (eagle) bụcha nnụnụọhịa. Ha abụo na-efe efe	Onye emegbula ibe ya. Onye biri ka ibe ya biri.

		ma na-ebekwa n'elu osisi. Mana o nwere ihe dị iche n'etiti ha abụọ. Egbe (kite) jọrọ njọ mana ugo (eagle) mara mma. Egbe na-ezu ohi n'ihi na ọ na-eburu uriom ọkụkọ n'ike fewara ga rie ya n'agbanyeghị mkpu akwa nnekwu ọkụkọ na-eti ma nke a mee. Mana ugo anaghị ezu ohi, mana ọ na-erikwa anụ ka egbe. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka ndị Igbo si were nweta ilu a. N'ihi na ọ bụrụ na e nwee nghọta dị mma onye ọbụla na ibe ya ga-anọkọnwu.	
202.	Ọkụkọ sịrị na ọ bụ ntụrị ntụrị ka afọ ji eju.	Ọkụkọ bụ nnụnụụlọ. O nweghị eze. O nwere ọnụ mpịmpị o ji akpata ihe ọ na-	Ọ bụ nwayọọ nwayọọ ka mmadụ ji enwetacha ihe ọ chọrọ.

		eri. Ọkụkọ ji ọnụ mpịmpị ya atụtụrị ihe. Mana, tupu ọkụkọ elo ihe ọbụla, ọ ga-atụrịrị ya ọnụ. Ọ bụrụ ihe nọ ndụ, o were ọnụ tụgbuo ya. Ọ bụ site n'otu ọkụkọ si eri nri maọbụ na-akpaju afọ ya ka e siri nweta ilu a.	
203.	Onye ọbụla chọrọ ịma ụdịrị ọrịa rịara enwe lee atanị fụọrọ ya ọkụ anya na mkpụrụanya.	Enwe na atanị na-eyi. Ma enwe, ma atanị, ha niile bụcha anụ na-amagharị n'elu. Enwe bụ anụ mkpụrụ anya ya lakpuru n'ime ihu ya nke mere ya ka o nwee okukoro anya. Mana, atanị na-enwe ọkpụrụkpụ anya nke mere ya ka o nwee ọkpụrụkpụ anya abụọ pụtara ìhè n'ihu ya. N'ala Igbo, ihe e ji ama onye nnukwu ọrịa n'oge ochie bụ na	Ọ bụ site n'aka onye nọdebere mmadụ nso ka e si amata ka ọnọdụ onye siri dị.

		mkpụrụ anya ya abụo na-alakpucha n'ime. Ihe e jikwanụ ama onye funwuru ọkụ n'ụzọ dị nnukwu bụ na ọkpụrụkpụ anya abụọ nke onye ahụ na-apụta ìhè n'ihu onye dị otu ahụ ma charụkwaa acharụ. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
204.	Isi anaghị aka onye nwe ya.	Ọ bụ ahụ niile budoro isi. N'ihi ya, isi nọ n'elu ahụ mmadụ. Ihe ọbụla mmadụ na-eme, ebe ọbụla mmadụ na-aga, isi na-eso ya. Ahụ bu ya aga. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka e siri nweta ilu a.	Ihe mmadụ nwere anaghị akarị ya.
205.	Otu ọ masịrị afọ siri saa nne ewu, ọ ga-ejuriri abọ.	Ewu bụ anụụlọ na-ata ahịhịa. Ọ bụkwa anụ na-ebu ibu. Ọ bụkwa abọ ka ndị Igbo ji ebu	Ihe ọ sọrọ ya mee, a gaghị anapụnwu mmadụ ihe chi ya nyere ya,

		ihe buru ibu. Ihe ọbụla buru ibu rịagodu ọrịa, a ga-amarịrị na ọ bụ ihe buru ibu. N'ihi ya, ụdịrị ọrịa ọ masịrị ewu rịa, ọ gaghị aha ka ọkụkọ. Ọ ga-akarịrị ọkụkọ na nnukwu. Ọrịa ahụ rịara ya agaghị eme ya ka ọ hapụ ịbụ ewu. Site na nghọta dị otu a ka e siri nweta ụdịrị ilu a.	maọbụ mee mmadụ ka ọ hapụ ịbụ ihe chi ya mere ya ka ọ bụrụ.
206.	Agadi nwaanyị kachie ntị wụo ogige, e bute ozu ya n'ofe ya.	Ogige (fence) bụ ihe ndị Igbo ji akpa oke ala ma werekwa ya na-echebido ụlọ ha, mbaraezi ha, ubi ha, okeala (boundary) ha, dgz. Ọ bụ osisi ka e ji agba ogige n'ala Igbo mgbe ahụ. Mana ugbua, e jizikwa aja a kpụrụ akpụ were na-eme ya. Ogige na-adịkwa elu karịa ogo mmadụ.	Onye ọbụla na-etinye aka n'ihe o kwesịghị ime chọrọ ọnwụ ya.

		Ọ bụ naanị onye nwere ume na ndụ nwere ike ịwụ ogige. Agadi nwaanyị agaghị awụnwu ogige n'ihi na ọ kaala ezigbo nka ma burụkwa onye ahụ riricharala eriri. Ịga ije na-ahịazi ya ahụ ma ya fọdụzịa ịwụ ihe. Ọ bụrụkwanụ na agadi sie ọnwụ na ọ ga-awụ ogige maọbụ ihe ka ya ogo maọbụ ihe ọbụla, ọ ga-anwụ ma ghọọ ozu. Ọ bụ site na nghọta a ka e siri nweta ilu a.	

Ilu ndị a niile e depụtara n'elu dị naanị narị abụọ na isii n'ọnụọgụ ma kọwakwaa ha, abụghị naanị ha bụ ilu Igbo e nwere. Ilu Igbo dị ọtụtụ ma baa ụba. Ilu Igbo bụ okwu Igbo jụpụtara n'amamihe ma burụkwa okwu Igbo na-eduzi onye maara ya. Ọ bụ site n'uru ilu Igbo bara n'asụsụ Igbo na kwa mkpa ọ dị n'okwu Igbo kpatara ndị Igbo ji wee were ya na-aghụ asụsụ ha, ahụ. N'ihi nke a, ebe ọ bụ na okwu Igbo bụ nke ilu Igbo jupụtara n'ime ya, ilu Igbo burụkwa nke jupụtara n'okwu Igbo, ọ bụkwa ihe kwesịrị ekwesị ma magbuo onwe ya na mma ma ọ burụ na

ndị na-atụ ilu Igbo na ndị a na-atụrụ ya mara nkọwa ya na nghọta ya.

Isi Nke Iriabụọ

ILU ỌGBARAỌHỤRỤ (ILU NDỊ UGBUA) - NSIRINWETA HA NA NKỌWA HA

Ilu bụ okwu so asụsụ Igbo were malite. Ka a na-asụ asụsụ Igbo ka a na-atụ ilu. Mana, imirikiti ilu ahụ anyị nwere n'asụsụ Igbo bụ ndị ahụ anyị tolitere, wee tokwudo. N'ihi ya, ọ dị ka a ga-asị na ilu niile ndị Igbo nwere n'asụsụ ha bụ ndị nke nnanna anyị. E nwere ike iche maọbụ kweta na ilu niile anyị na-atụ n'asụsụ Igbo bụ ndị nke so asụsụ Igbo wee malite. Maka na anyị pụtara ụwa were na-anụ ha ma werekwa ha na-eme okwu. N'ezie, ndị gboo gbalịrị nke ukwu n'iwubere anyị asụsụ na omenaala. Ọ bụkwa site n'omenaala ndị Igbo na kwa ọnọdụ ha gburugburu ka ilu siri

were na-apụta ma bụrụkwa nke ha si n'asụsụ ha (asụsụ Igbo) were na-egosipụta. Ọ bụ nkwenye dị otu a kpatara Ianna (2007: 15) jiri kọwaa sị:

> Asụsụ ka e ji akọwapụta omenaala. Ọ bụ n'ime asụsụ omenaala ọbụla ka echiche ndị na-asụ ya na-agbado ụkwụ na kwa ụzọ ọbụla ha si eche echiche banyere ihe dị ka asụsụ na kwa usoro na nghọta dị n'ime ya. N'ihi nke a, asụsụ jupụtara n'omenaala ndị.

N'ezie, ndị Igbo si n'asụsụ ha were na-egosipụta omenaala ha. Ọ bụkwa ilu mere ka asụsụ Igbo kwụrụ chịm n'ihi na ọ bụ okwu jupụtara n'amamihe. Asụsụ Igbo na ilu na-ejekọrịta ma na-adakwa n'usoro kwesịrịnụ. Nwaozuzu (1997: 53) mekwara ka a mata:

> Asụsụ bụ usoro. Ihe nke a pụtara bụ na mpaghara niile metụtara asụsụ ọbụla dị n'usoro n'usoro, nke na ihe metụtara otu mpaghara ya, ga-emetụtarịrị mpaghara ndị ọzọ.

Ọ bụrụ na ilu adabaghị ma hapụ iso usoro kwesịrị ka o soro n'asụsụ, ọ gaghị adaba adaba. Ọ bụrụ na ilu adabaghị n'asụsụ e jiri ya sụọ, ọ na-eme ka ilu nọdụ iche n'asụsụ ọ dị na ya. Ọzọ kwa bụ na ilu niile ndị mgbeochie wepụtara bụkwa ndị dabara n'usoro e jiri tụọ ha na kwa ọnọdụ e jiri tụo ha.

Mana, o kwesịrị ka anyị mata na asụsụ na-eto eto. Asụsụ anaghị anọ maọbụ kwụrụ otu ebe. Otu ahụ kwa ka ilu Igbo sikwuazị eto. Ka chi na-efo, ka a na-enwe ihe ọhụrụ na kwa ọnọdụ ọhụrụ. Ọ bụkwa site n'ihe ọhụrụ na ọnọdụ ọhụrụ ndị ahụ ka e sikwa enweta ilu ọhụrụ. Nwachukwu – Agbada (2002: 210) kwetakwara na 'a ka na-ewepụta ilu ọhụrụ...' Ọ bụ mgbe a na-enwe uto ọhụrụ ka a na-enwekwuazị mwube ilu ọhụrụ n'asụsụ

Igbo maka na ọ bụ asụsụ Igbo ka e ji ezipụta ilu. Anizoba (2013: 4) mere ka anyị mata:

> Asụsụ bụ ụda nke nwere nghọta site na nkwekọrịta ọhanaeze nwe ya bụ asụsụ …. Ọ bụ n'ụzọ dị etu a ka asụsụ si eto eto…. Ịma atụ "Ọkụ elu" – 1950's ntụ oyi – 1970's dgz, sitere n'ụzọ dị etu a malite ma bụrụzịa ihe ọhanaeze nabatara iji gosipụta nghọta na nkọwa dị iche iche n'asụsụ Igbo.

Ọ bụkwa otu a ka o siri dịrị n'inweta na iwube ilu ọhụrụ. N'ihi ilu ọhụrụ bụ echiche na nghọta miri emi 'Ọhanaeze' wepụtara ma na-atụkwa site n'ọnọdụ ha hụrụ onwe ha na ya ma kwekọrịtakwa iji ọnọdụ ahụ were mee asụsụ nka. Ọtụtụ ilu ọhụrụ e nwere n'asụsụ Igbo ugbua bụkwa nke ndị Igbo na-atụ ma na-anụ, mana ha amaghị na ha bụ ilu. Mana, ọtụtụ mgbe ka ha na-eji asụsụ nka ndị ahụ eme okwu ma werekwa ha na-akọwa onwe ha na ọnọdụ ha. Ọ bụ nkwenye dị otu a kpatara o jiri dị mma ka a chọpụta ha, na-achịkọ ha ọnụ ma na-edetukwa ha n'akwụkwọ maka echi. A ga-edepụta ụfọdụ ilu ọgbaraọhụrụ ndị ahụ ma nyekwa nkọwa ha.

Ọ kwesịrị ka a kọwaa nke ọma otu e siri nweta ilu ndị a e nwechara ugbua ma bụrụkwa nke ndị ugbua wepụtara. N'ezie, okwu nka ọbụla nke gụnyere ilu, akpaalaokwu, ụkabụilu, asịniilu, dgz bụ nke ndị Igbo si na gburugburu ha were mebe ma wube. Ilu anaghị esi n'elu were na-ada. Ọ bụ site n'ihe a hụrụ anya, ihe a nụrụ na ntị, ihe dị n'okirikiri anyị, ihe a gabigara na ndụ ka e si enweta ya. Ụzọ e siri mewe ilu ọgbaraọhụrụ ma bụrụkwa ilu ọhụrụ ndị e nwere ugbua, ma bụrụkwa ndị nke ndị ugbua wepụtara ma bụrụkwa nke e si n'ọnụ anụ bụ site n'ụzọ dị otu ahụ a kọwara ka ha siri mewe ha. Nwadike (2009: 18)

kwadosịrị echiche dị otu a ike banyere nsirinweta ilu site n'ịkọwapụta sị:

> N'ihi mmekọrịta ndị Igbo na ndị ọzọ na-abụghị ndị Igbo, na kwa mgbanwe batara na ndụ ha, na kwa nnabata omenaala ndị ọzọ, ọkachasị teknọlọji nke ndị ọcha na kwa iji ihe ndị a were kpọrọ ihe kemgbe mere ka ilu ọhụrụ na-apụta ma bụrụkwa ilu ndị Igbo nabatakwara n'ime ilu ndị ha nwerela.

N'ihi nke a, ọtụtụ ilu ndị ọgbaraọhụrụ a na-enweta ugbua bụ site na mmekọrịta ndị Igbo na agbụrụ ndị ọzọ, mmekọrịta asụsụ Igbo na asụsụ ndị ọzọ, mmekọrịta omenaala Igbo na omenaala agbụrụ ndị ọzọ, mmekọrịta gburugburu ndị Igbo na ihe ndị abụghị nke ndị Igbo, dgz. Ọ bụghịkwa naanị ilu Igbo ka e si otu ahụ enweta. Nka okwu ọbụla na-abụkanarị n'otu ndị si ebi ndụ, ihe dị n'agbụrụ ha, ihe a na-ahụ na gburugburu ha, ka ha si enweta ha. Nwadike (2009: 10) gakwara n'ihu mee ka anyị mata:

> Otu ihe ahụ ka a ga-ahụkwa n'ụkabụilu (nke ụfọdụ kpọrọ ilu, ụfọdụ kpọọ ya nkọniilu, ndịka maọbụ mbụrụ) nke Onyenweanyị bụ Jesu Kristi jiri gbasaa ozi ọma, ndị nke rụtụrụ aka n'ihe ndị na-ege Ya ntị na-ahụ anya. Ọtụtụ mgbe ka Ọ na-ekwu maka anụmanụ (ewu, atụrụ, nwaatụrụ, anyịnyaibu), mkpụrụosisi mọstaadị, osisi fiigi, onye ọrụugbo, nnụnụ nke igwe, dgz. Ọ na-ejikwa amaatụ ọbụla na-adịghị n'okirikiri ebe ọ na-agbasa ozi ọma were na-ekwu okwuchukwu Ya.

Ọtụtụ ilu ọgbaraọhụrụ ndị a na-enweta bụ ndị hiwere isi na gburugburu anyị. Ọ bụkwa otu ahụ ka e si enweta ilu n'ala Igbo

na kwa mba ndị ọzọ dịgasị iche iche e nwere n'ala Afịrịka (Africa). Finnegan (1970: 416) kwadosikwara echiche dị otu a ike site n'ịrụtụ aka sị:

> N'ilu Igbo, ọ bụ maka ihe ọbụla gbasara ndụ mmadụ ka a na-arụtụ aka ma na-akọwakwa, ma bụrụkwa ọtụtụ nghọta dị iche iche e kpokọrọ ọnụ n'ụzọ dị ntakịrị nke ga-eme ka a ghọta ihe a na-ekwu maka ya…nke kọwara nkwenye ọbụla na kwa akparamagwa n'ụzọ doro anya ma kwụrụ ọtọ.

N'ezie, ilu ọbụla a ga-ewepụta maọbụ nke a na-atụ n'ala Igbo ga-agbadoriri ọkpa n'ihe ndị Igbo nwere, ihe ndị Igbo maara, ihe ndị Igbo na-ahụ, ihe ndị Igbo kwenyere, ihe ndị Igbo na-eche, dgz.

Ọ ga-abụ ihe magburu onwe ya na mma ma ọ bụrụ na a kọwapụta nke ọma otu e siri nweta ilu ndị ọhurụ nke anyị na-ahụ n'asụsụ Igbo ugbua. Ọ bụ eziokwu na ndị Igbo wepụtara ilu ọhụrụ ndị a ma werekwa ha na-eme okwu na-amaghị ama na ha bụ ilu, ọ bụ ya ka o jiri dị ezigbo mkpa ka a na-achọpụta ha, na-amata ha, na-ekpokọta ha ọnụ maka echi. Maka na ndị Igbo tụrụ ilu were sị na ọ na-abụ e were ụtụtụ kute mmiri ọ dị ka a gaghị ańụ ya ańu, mana o ruo n'ehihie, onye ọbụla a na-asị 'nye m mmiri, nye m mmiri' Ilu ọzọ kwa ndị Igbo na-atụ banyere mgbe ihe ji apụta ìhè bụ 'Ọ bụghị mgbe e gbuturu osisi ka o ji akpọnwụ.'

Ọtụtụ ilu ọgbaraọhụrụ ndị Igbo na-atụ nwere otu ha siri nweta ha ma wube ha. N'ihi ya, ilu ndị Igbo na-atụ anaghị esi n'elu were na-adaturu ha n'ala. Ọ bụ site n'ihe ha hụrụ na kwa site n'ihe mere ha maọbụ ihe ndị mere n'etiti ha maọbụ na gburugburu ha ka ha si emebe ma na-enweta ilu ndị ahụ. E nwere ọtụtụ ilu

ọgbaraọhurụ e nwegachara n'ala Igbo n'ihi na ka e richara, ọkụ anyụghị. Ọ bụrụ na a na-amata ilu ndị a, a ga na-edepụta ha n'akwụkwọ ma na-echekwaba ha. Maka na ọ bụrụ na taa adighị, a gaghị enwe echi. Nwachukwu – Agbada (2002: 210) kwenyekwara n'echiche a site na nkọwapụta ya banyere edemede ya maka ilu. O dere sị:

> Ihe e ji were wepụta ohere ịmụ maka ilu bụ maka ilu n'omenaala Igbo bụ mma dike ji eje ọgụ, n'okwu. A ka na-ewepụtakwa ilu ọhụrụ ugbua ma na-agbanwokwa ihe ụfọdụ na-adighị mma na ntị n'ilu ochie.

N'ezie, ọ ga-abụ ihe magburu onwe ya ma ọ bụrụ na e depụta ọtụtụ ilu ọgbaraọhụrụ (ilu ndị ugbua) e nwegasịrị ma bụrụkwa ilu ndị e si n'ọnụ ndị ugbua (ọgbọ ugbua) were na-anụ. A ga-edepụtacha nkọwa ha ma mekwaa ka a mata nsirinweta (derivation) ha. Ilu ọgbaraọhụrụ ndị ahụ, nkọwa ha na nsirinweta ha bụ ndị a:

Ilu Ọgbaraọhụrụ (Ilu Ndị Ugbua)		**Nsirinweta Ha**	**Nkọwa Ha**
1.	Onye gbaa bọọlụ, ọ rachaa oroma.	Ọ bụ site n'ịracha oroma ma a gbachaa bọọlụ ka e siri nweta ilu a. N'oge gboo, ọ bụ oroma ka a na-enye onye gbara bọọlụ ka ọ rachaa ka o were nwee ike gbaa bọọlụ ọzọ. Mana ugbua, ọ bụ ego ka e ji asụju onye	Ọ bụ onye rụrụ ọrụ na-eri uru ọrụ ọ rụrụ.

		gbara bọọlụ afọ.	
2.	Ogbenye anaghị arọ nrọ osikapa.	N'oge ochie, n'oge gboo, ihe a na-erikanarị bụ akpụ, abacha, ji, ede, ụkwa, dgz. Ọ na-ahịa ahụ onye maọbụ ndị Igbo iri osikapa (rice) mgbe ahụ n'ihi na osikapa bụ nri ndị ọgaranya maka na ọ hịara ndị be anyị ahụ ịzụta ya n'ihi na ọ galara ọnụ. Ọ bụghị onye ọbụla nwere ego ọ ga-eji zụta osikapa (rice) mgbe ahụ. O soghịkwa na nri ndị Igbo na-arụpụta mgbe ahụ.Ụfọdụ ndị Igbo na-erikwanụ osiskapa mgbe ahụ bụ naanị ụbọchị ụka (Sunday) ka ha na-esi ma na-eri ya. (Otu ugboro n'izuụka). Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	Mmadụ ekwesịghị ka o tinye aka n'ihe o rughị ogo ya.
3.	Onye ọbụla ruru Mkpọọ eruola Ọnịcha.	Mkpọọ (Nkpọr) bụ obodo ọ na-abụ a gafechaa e were	O kwesịrị ka mmadụ meruo ihe ọ na-eme

		bata n'Ọnịcha (Onitsha). Mkpọọ dịdebere Ọnịcha nso. Mkpọọ na Ọnịcha gbara agbataobi. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka e siri nweta ilu a.	n'isi n'ihi na imedebe ihe n'ụzọ anaghị adị mma.
4.	Ukwu na-ama ọgọdọ adịghị mma ịgba ọtọ.	E nwetara ilu a site n'otu agbara nwaanyị si eke ekike n'ala Igbo. N'ekike ndị Igbo, onye ọbụla lụrụ di ma bụrụkwa nne nwaanyị bụ akwa ka ọ na-ama. Ebe nwaanyị na-amanye akwa bụ n'ukwu ya.	Ihe ekwesịghi ịkọnahụ mmadụ.
5.	Ọ dịrị nwologbo mma, ọ ńụwa tii.	N'oge gboo, ọ bụ naanị ndị ọgaranya na-ańụ tii (tea). Ọ bụkwa nkwenye onye ọbụla, na onye ọbụla na ihe ọbụla dị ka nkịta, nwologbo (nwamba) dgz bi na be ọgaranya na-enwe ańụrị n'ihi na o nweghị ihe ọbụla kọrọ na be ọgaranya. Na ihe ọbụla ọgaranya na-	Ọ bụ site na ndụ mmadụ na-ebi ka e si amata otu ọnọdụ ya dị.

		eri, na ndị niile bi na nke ya na kwa ihe niile nọ na nke ọgaranya na-eri ya. Onye ndị maọbụ ihe niile bi na be ọgaranya na-eso ọgaranya eri ihe dị mma. Site na nghọta dị otu a ka e siri wube ilu a.	
6.	Abada nwere onye ọ na-ekwesị.	Abada (wax printed cloth) bụ akwa ọmụma ndị Igbo ji akwa akwa. Ọ bụrụ na a kwachaa akwa, o nwere onye ahụ ya na akwa a kwaara ya na-abụ pem, nke ga-eme onye ahụ ka ọ bụrụ sọ mma. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka e siri nweta ilu a.	Onye ọbụla Chukwu kere nwere ebe ọ kacha wee mara eme.
7.	A na-eri Joo ọ na-ada Joo, Joo, Joo.	Joo bụ aha mkpọbiri 'Joseph'. Joo bụkwa aha e ji asọrọ aha ahụ bụ'Joseph' nsọ aha. Joo bụ aha otutu e ji anapụta 'Joseph' ihe o ji maọbụ ihe o nwere n'ụzọ aghụghọ e tinyere	Iji otito na itu aha were napụchaa mmadụ ihe o nwere.

		n'ụzọ egwuregwu.	
8.	Isi akwa adịghịzị n'ebe a manyere ya.	Isi akwa bụ ebe ụmụnwaanyị na-ama akwa na-ekedo akwa ha ma n'ukwu ha ka ọ hapụ ịtọghepụ. Ọ bụ site n'otu ahụ na kwa ebe ahụ nwaanyị na-ekedo akwa maọbụ ọgọdọ ọ ma n'ukwu ka e siri nweta ilu a.	Ihe adịghịzi otu ọ dịbu na mbụ.
9.	Ọ bụ onye bu igu ka ewu na-eso.	Igu (palm frond) bụ akwụkwọ nkwụ. Ewu bụ anụụlọ na-ata ahịhịa. Akwụkwọ nkwụ a bụ igu sokwa n'ahịhịa ewu na-ata nke ọma. Ọ bụrụ na ewu hụ onye bu igu, ọ na-eso onye ahụ ma na-atakwa igu ahụ ma ọ bụrụ na igu ahụ ruo ya nso. Ọ bụrụkwanụ na onye bu igu dowe igu ahụ, ewu ga-eje ebe ahụ a tọgbọrọ igu ahụ tawa ya. Site n'otu a ka e siri nweta ilu a.	Ọ bụ onye nwere ihe ka ndị mmadụ na-akpakwuga.

10.	Kama ọnụ na-eri nri ga-akwụsị iri ihe, nke a naghị eribu buru ọnụ.	Ndị Igbo kwenyere ma kwenyesịa ike na ọ bụ onye na-erinụ ka ọ na-agụ. Na ọ bụrụ na onye na-eri ihe kwụsị iri ihe, o nwere ike ime ihe ọbụla, ma ọ dị njọ ma ọ dị mma, ịhụ na ihe ọ na-eri akọghị ya. Ma onye anaghị eribu ahụghị ihe ọ na-eri, o dibe ya n'ihi na ntukwu amarala nkita ahụ. E nwetara ilu a site na nghọta dị otu a.	O kwesighị ka ihe kọnahụ onye nwere ihe.
11.	Anaghị m agba ụzọ aga ụka n'ihi na Fada anaghị ala echi.	Ụka so ndị ọcha were bata n'ala Igbo. Tupu ụka abịa, ndị Igbo nwere ekpemekpe ọdịnaala nke ha si na ya were na-efe Chukwu ha. Fada sokwa ụka were bịa. Ọ bụkwa Fada bụ onyeisi n'ekpemekpe ụka nke ndị Katọliki. Ọ bụ Fada bụ ụka Katọliki, ụka Katọliki bụrụkwa ụka Fada. Ọ bụrụ	Ọ dị mma ka e were nwayọọ na-eso ụwa.

		na ụka Katọliki alaghị, Fada agaghị ala. Kwa mgbe ọbụla a ga-aka ụka, ọ bụ Fada ga-anọ n'isi ụka a na-aka ma bụrụkwa onyendu n'ụlọụka. N'ihi ya, o baghị uru ịkụ mgbanụ maka ije ụka, maka na mgbe ọbụla a gara n'ụlọụka, Fada nọ ya. Site na ya ka e siri nweta ilu a.	
12.	Ụka dị n'obi.	Ndị ụka ọgbaraọhụrụ weere ije n'ụlọụka ebe ha na-anụ okwuchukwu na kwa ikwu maka Chukwu dị ka ụzọ e si egosipụta okwukwe n'ebe Chukwu nọ. Mana mgbe ụfọdụ, ọ bụghị ihe onye ụka na-ekwu n'ọnụ ka ọ na-emepụta n'omume, n'ihi na obi dị aghụghọ karịchaa ihe niile. Site na nkwenye dị otu a ka e siri wube	Onye ọbụla maara onwe ya banyere ije ya na chi ya.

		ilu a.	
13.	Onye a ghọgburu ka a gbara.	N'oge gboo, ndị Igbo anaghị asị asị. Ha anaghịkwa aghọgbu mmadụ n'ihi na ha kwetara na asị na ịghọgbu mmadụ bụ ihe ọjọọ ma bụrụkwa arụrụala. Na mgbe ochie, kama onye Igbo ga-edufie mmadụ ụzọ, kama o duzie ya. Mana ugbua, mpụ na arụrụala na-arịzi ibe ya elu. Onye jide nwanne ya, ọ ghọrịa ya ma napụ ya ihe o nwere. Ọ bụkwa onye kwetara ka a ghọrịa ya ka a ga-aghọrị. Ọ bụ site n'akparamaagwa ọjọọ a ka e siri nweta ilu a.	Mmadụ kwesịrị ịkpachapụ anya ma mara ihe nke ụwa.
14.	Hapụ ihe e dere na moto banye moto.	E si na moto na ihe a na-ede na moto were nweta ilu a. Moto bụ ụgbọala. Ọ bụ ụgbọala ka e ji ebu ndị njem. Imirikiti ụgbọala na-ebu ndị njem	Ọ bụrụ na e sochasịwa ihe ụwa ka o siri were dị, a mara na o nweghị ihe a ga-emenwu.

		nwere ihe dị iche iche ndị nwe ha maọbụ ndị na-anya ha dechara n'ahụ ha. Ọtụtụ mgbe, ihe ndị ahụ ha na-ede n'ahụ ụgbọala ha na-akọwa echiche ha banyere ụwa ha hurụ onwe ha na ya.	
15.	Agbọghọbịa anaghị ata akara n'ahịa.	Akara (bean cake) bụ site n'ighe agwa (bean) a kwọrọ akwọ ka e si enweta ya. Akara bụkwa mmanụ e sichara esicha ka e ji eghe ya. Akara bụkwa ihe oriri bịara ọhụrụ n'ala Igbo. Ọ bụ ọtịta ka a na-ata akara. Ọ bụkanarị n'ahịa ka a na-ere ya. A zụta ya, e were ya laa n'ụlọ maka ịta ya. Agbọghọbịa bụ nwata nwaanyị na-alụbeghị di. Ọ na-akwanyere onwe ya ugwu n'ụzọ pụrụ iche iji were nwee ike lụta di dị mma. Ọ naghị achọ ka o	Mmadụ kwesịrị ịkwanyere onwe ya ùgwù.

		mee ihe a ga-eji kparịa ya maọbụ kọọ ya ọnụ. Ọ naghịkwa achọ ime ihe ga-egosi na o tobeghị maọbụ na ọ maghị ihe. Ọ chọghịkwa ka o mee onwe ya nwata n'ihi na ọ bụ nwatakịrị na-ata akara n'ahịa. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
16.	A gaghị anọ ebe a na-ekpe 'ekele Mariạ' ndị eluigwe agawachaa.	'Ekele Mariạ' bụ otu n'ime ụzọ dị iche iche ndị Katọliki si ekpe ekpere. Ọ bụkwa na ya ka ekpere rozịrị (rosary) ha hidoro isi. Ndị Katọliki ejighị ya bụ ekpere egwuri egwu n'ihi ọnọdụ dị elu Meri (Mary) nne Jesu nọ n'usoro ekpemekpe ọkachasị n'ụka Katọliki. Ọ bụ site n'ekpere ahụ ka ilu a siri pụta ma malite.	O kwesighị ka a tọ na-ime otu ihe ebe ihe ndị ọzọ a ga-eme eme nọ were na-eche.
17.	Onye bu onye iti	Onye ìtì (illiterate)	Onye ya na

	n’ụgbọala ya bu ozu nwụrụ anwụ.	bụ onye agụghị akwụkwọ chaachaa. Ọ gbaghịrị onye gụrụ akwụkwọ na onye agụghị akwụkwọ. Nghọta ha abụọ ahaghị. Amamihe ha abụghịkwa otu. Ebe onye gụrụ akwụkwọ nọ tere ezigbo aka n’ebe onye agụghị akwụkwọ nọ. Onye agụghị akwụkwọ anaghị aghọtacha ndụ otu kwesịrịnụ. Ọ bụrụ na i buru onye iti n’agụghị akwụkwọ n’ụgbọala were na-aga ihe, nghọta ya anaghị adabacha maka na ị na-akọ n’ihu, ọ na-akọ n’azụ, n’ihi na o nweghị ihe ọbụla ọ ma. Ọ na-anọ ka ozu nwụrụ anwụ na-enweghịzi nke ọ ma. Ọ bụ site n’ọnọdụ na nghọta dị otu a ka e siri nweta ilu a.	onye amachaghị ihe nke ọma na-emekọ ihe, nọ na nsogbu.

18.	Ikuku kuo, a mara na Fada na-eyi tụraụza.	Fada (Reverend Father) bụ onyeisi nchụaja n'ụka Katọliki (Catholic Church). Akwa e jiri mara fada ma bụrụkwa akwa fada na-eyi bụ uwe ọcha mkpụda. N'okpuru uwe ọcha mkpụda ahụ, fada na-eyikwuazị uwe ọkpa ogologo nke anyị maara dị ka tụraụza (trouser). Ọ bụrụ na fada nọrọ n'ebe nnukwu ikuku na-eku, ikuku ahụ ga na-ebugharị uwe mkpụda ahụ o yi, nke ga-eme ka a na-ahụ uwe ọkpa ogologo (tụraụza) ahụ fada yi. Ọ bụ site na nke a ka e siri nweta ilu a.	Ọ bụ ihe mee, a mara ka onye dị.
19.	Ndị Mekaniki ekweghịzị ka a mara ndị bụ ndị ara.	Ndị mekaniki (Mechanics) bụ ndị ọrụ ha bụ idozi ụgbọala mebiri emebi. Ọtụtụ n'ime ha na-eyi akwa ruru inyi na akwa dọkachara adọka	Ọnọdụ ọjọọ ekweghịzi ka a mara onye bụ onye.

		were na-arụ ọrụ mekaniki ha. Akparamagwa dị otu a na-eme ha ka ha na-adị ka ndị ara na-awị. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu ọgbaraọhụrụ a. O kwesịkwara ka anyị mata na oge gboo, ụgbọala adịghị. Mana n'oge ugbua, ụgbọala ejupụtala ebe niile. N'ihi nke a, e nwezịa ndị na-edozi ụgbọala bụ ndị a maara dị ka ndị Mekaniki.	
20.	E jighị anya ọma aga ụka aliloya.	Ụka aliloya (Pentecostal Church) bụ ụka ọgbaraọhụrụ na-ahụrụ ndị mmadụ ọhụ, ya bụ ịgwa mmadụ maka ndụ ya, ihe ga-eme ya, ihe merela ya na ihe na-eme ya nke onye ahụ na-amaghị. Ọ bụkwa ụka, mmụọnsọ na-adakwasa ndị bịara ya. Nkwenye ndị	Ọ bụ ihe isiike kpatara mmadụ ji eme ihe ọ chọghị ime.

		Igbo bụ na onye na-aga ụdịrị ụka a nweriịrị nsogbu bubara ya na ya. Ọ bụ site n'ụdịrị nghọta a ka e siri nweta ilu a.	
21.	Okwu Chukwu adighị mma n'ụka mgbede.	N'ụka mgbede (Evening Mass), a naghị anọte ya aka otu ahụ e si anọ n'ụka ụtụtụ. A na-aka ụka mgbede ngwa ngwa ka ndị bịara ya were nwee ike laruo na be ha dị iche iche tupu chi ejibido ha. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	O kwesịrị ka e were oge were kpọrọ ihe.
22.	Onye nọ n'ime mmiri were na-anyụ ahụrụ bụ ọgbatumtum nke ya ka ọ na-agba.	Ọgbatumtum (motorcycle) na-eme ụzụ ma a na-anya ya. Ọ bụkwa site n'ụdịrị ụzụ ọ na-eme ka e siri nweta aha ya. Ọ bụkwa site n'ụdịrị ụda ahụrụ a nyụrụ n'ime mmiri na-eme ka ilu a siri pụta.	Onye ọbụla nwere ihe ibe ya nwere n'ụdị nke ya.
23.	Nkịta na-achụ moto ọsọ na-ala	Moto (motor-vehicle) bụ	O kwesighị ka mmadụ tinye

	ike ya n’iyi.	ụgbọala. Ọ na-agba ọsọ nnukwu. Moto (ụgbọala) nwere taya (tyre) anọ. Nkịta nwere ụkwụ anọ. Nkịta bụ anụmanụ e ji ịgba oke ọsọ were mara. Nkịta na-awụ ọsọ awụ. Ọ bụkwa anụ na-ata anụ nnukwu. Ọ bụ site n’akparamagwa nkịta ka ndị Igbo ji wee were ya na-achụ nta. O nweghị anụọhịa ọbụla nkịta chụwara ọsọ ka ọ ghara ịchụkwudo ya ma tagbuo ya. Mana, ọ gbaghịrị nkịta na ụgbọala n’ọsọ n’ihi na ụgbọala (moto) na-agbanahụ ya n’ọsọ. Nkịta anaghị ahụ azụ moto (ụgbọala) anya n’ọsọ. O nweghịkwanụ ihe ga-eme ka nkita chukwudonwuo ụgbọala n’ọsọ. Ọ bụ site n’ụdịrị ọsọ ụgbọala na-agba ka	aka ya n’ihe ọ gaghị emenwu.

		e siri wube ilu a.	
24.	Ihe ọ masịrị gị meere onye anyịnyaigwe, ọ lawa, ọ bọọrọ gị ike.	E nwetara ilu a site n'otu onye na-anya anyịnyaigwe si arịkwasa n'elu anyịnyaigwe ya. Anyịnyaigwe bụ 'bicycle' na bekee. Ọ bụ site n'otu onye anyịnyaigwe si eweli ọkpa ya elu ma tụfega ya n'elu anyịnyaigwe ya mgbe ọ na-arịkwasa n'elu ya ka e siri nweta ilu a.	O nweghị ihe ọbụla e mere ka e meta ụwa mma.
25.	Ego bịara ahịa nwere onye nwe ya.	Otu anyị si achụ ego ka anyị nweta ya n'oge ugbua abụghị ka ndị gboo siri kpaa ego nke ha. N'oge gboo, ha ji nwayọọ were na-enweta ego. Mana ugbua, ihe niile adagharịala. Mana mee elu, mee ala, a naghị eso ụwa n'ike. Onye bịara ahịa bụ ihe masịrị ya ka ọ ga-eji ego ya were zụta. A gaghị anapụ ya ego ya n'ike. Ọ bụkwa	Ihe ọbụla chi mmadụ doweere mmadụ ga-eruịrị onye ahụ aka

		onye o ji ego ya were zụrụ ihe n'ahịa ka ọ ga-enye ego o jiri bịa ahịa ịzụta ihe ọ chọrọ. Ọ bụ otu a ka e siri nweta ilu a.	
26.	Ukwutuukwu baịbụlụ abụghị ukwutuukwu okwukwe.	Baịbụlụ (Bible) bụ akwụkwọnsọ. Ọ bụ akwụkwọ buru ibu ma dị nnukwu. Ọ bụ akwụkwọ okwu Chineke jupụtara n'ime ya, malite n'ihuakwụkwọ nke mbụ wee ruo n'ihuakwụkwọ nke ikpeazụ. A na-ahụta onye bu baịbụlụ dị ka onye chọrọ ịma Chineke. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka e siri nweta ilu a.	Ọ bụghị ịkpọ Chukwu mgbe niile ka e ji ama onye maara Chineke.
27.	Onye nwee ego, o nwee ụmụnna.	N'oge gboo, ụmụnna na-eji otu olu ekwu okwu. Mana ugbua ego na-achịzi ụwa, ọ bụzị onye ji ego ka ụmụnna ya na-ege ntị ma na-eme ihe o kwuru. Onye enweghị ego kwuo okwu ụmụnna ya	Onye jide ihe, ọ na-enweta ihe ọbụla ọ chọrọ.

		anaghị ewere okwu ya n'ihi na ọ tọgbọghị sisi. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka ilu a siri pụta.	
28.	Ọkpa ọbụla a gbara awọ bụ lifutu (lift) ka e nyere ya.	Lifutu (free ride) bụ ibute mmadụ n'ụgbọala ma kwụsị ya n'ebe ọ na-aga n'ụdị enyemaka. Awọ (toad) anaghị aga ije, ọ naghịkwa agba ọsọ. Mana ọ na-amapụ amapụ. Ọtụtụ mgbe, a na-eji ọkpa agbapụ ya ebe ahụ. Ọkpa ahụ a na-agba ya na-eme awọ ka ọ dafee ebe ọ ga-amajenwu ma o were aka ya na-aga. Awọ (toad) abụghịkwa anụ oriri. A hụ ya, e jighị ihe kụgbuo ya, e were ọkpa gbafuo ya. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	Ihe e mere ka e megide mmadụ mana a maghị na ihe ahụ bụ ihe ga-enyere onye ahụ aka na ndụ ya.
29.	A na-anya anyịnyaigwe anya tupu a gbawa ya agba.	Anyịnyaigwe (bicycle) ọbụla nwere ihe ọ na-abụ a rịgoro n'elu ya, a zọgharịwa ya ka	A na-agụ otu tupu a gụwa abụọ. Ihe kwesịrị ka e mee ya n'usoro

		anyịnyaigwe were malite gbawa ọsọ. Ihe a na-akpọ ihe ahụ bụ pedaalụ (pedal). Ihe pedaalụ (pedal) na-adị n'anyịnyaigwe bụ abụọ. Otu na-adị n'aka nri, nke ọzọ na-adị n'aka ekpe. Ọ bụrụ na onye nọ n'elu anyịnyaigwe na-azọgharị pedaalụ abụọ ahụ ma na-azọga ya n'ihu n'ihu, anyịnyaigwe amalite gbawa ọsọ. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	na otu kwesịrị ka e siri mee ya.
30.	Ọ bụghị onye bu ụzọ kpọọ pọlisi na-ekpegbu.	Pọlisi (onye uweojii) bụ onye ọrụ gọmentị, nke ọrụ ya bụ idozi esemokwu na iweta udo n'ebe ọbụla e nwere ọgbaaghara na nghọtahie siri ike. Ọtụtụ mgbe, ọ bụkwa a kpọọ ha, ha (ndị uweojii) abịa. Ọ bụrụ na okwu na-esere mmadụ abụọ ma	Ihe anaghịkwa agacha otu e siri chee. Mgbe ụfọdụ, ọ bụghị otu e siri chọọ ka ihe mee ka o si eme.

		bụrụkwa okwu hịara ha ahụ ndozi, otu onye n'ime mmadụ abụọ ahụ maọbụ ndị ahụ na-ese okwu nwere ike gbapụ ga kpọta ndị uweojii ka ha bịa dozie ya bụ okwu. Ọ bụrụ na ndị ahụ na-ese okwu kpesachaara ndị uweoji ihe na-esere ha, o nwere ike ọ bụrụ onye ahụ gara kpota ndị uweojii ka ikpe ga-ama. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu ahụ ka e siri nweta ilu ahụ.	
31.	A naghị edowere onye jere Ọnịcha anụ ọkụkọ.	N'oge gboo, mgbe ụgbọala adịbeghị dị ka o siri dị ugbua, ọ bụ ọkpa ka ndị Igbo si obodo dị iche iche ji aga Ọnịcha. O nwere ndị ọ na-ewecha otu ụbọchị, mkpụrụ ụbọchị abụọ maọbụ karịa iji were gaa ahịa n'Ọnịcha ma lọtakwa. Anụ ọkụkọ bụ anụ na-	Onye anọghị ebe ibe ya nọ, a naghị echeta ya.

		atọ ụtọ nke ukwu. N'oge gboo, e gbuo ọkụkọ, a na-agba mbọ ịhụ na anụ ọkụkọ ahụ ruturu onye ọbụla. Mana onye ji ọkpa gawa Ọnịcha bụ onye amaghị mgbe ọ ga-alọta, e dowere ya anụ ọkụkọ nke ya, o nwere ike imebi tupu ọ lọta. Nke a ga-eme ka ya bụ anụ e kenyere ya laa n'iyi. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
32.	O nweghị ihe jikọrọ udele na baba.	Udele (vulture) bụ nnụnụ. Ọ bụ ugbene jupụtara ya ahụ niile, mana o nweghị ugbene maọbụ ajị ọbụla dị ya n'isi. Isi ya bụ isi nkwọcha. Akaọrụ baba (barber) bụ ịkpụ isi. Ọ bụkwa isi ntutu dị na ya ka ọ ga-akpụ. Ọ gaghị akpụ isi nkwọcha. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	Ihe onye amaghị maka ya anaghị agbasa ya.

33.	Abańụ ihe adịghị n'ime ya na-ada oke ụdà.	Abańụ (tin) na-eme mkpọtụ nnukwu ma ọ bụrụ na o nweghị ihe dị ya n'ime. Ọ bụ site n'ụdịrị ụda ọ na-ada ma a kụtụrụ ya aka mgbe ihe adịghị ya n'ime ka e siri nweta ilu a.	Onye enweghị ihe ọ ga-emenwu na-etu ọnụ nnukwu ma na-eme oke mkpọtụ.
34.	Onye agbaghị opanga Ichida ka ọ na-awị ara, a mara na ọ naghị agbata ya.	Ichida bụ aha obodo e nwere na steeti Anambara (Anambra state) Ọpanga bụkwanụ aha a na-akpọ otu n'ime egwu ndị Ichida nwere. A naghị eji nwayọọ agba egwu ọpanga. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka ilu a siri pụta.	O kwesịrị ka i tinye uchu n'ihe ọbụla ị na-eme ma mee ka ihe ahụ daa ụda.
35.	Ọ naghị eshi, mana o shie, a waara ya gọta.	E nwetara ilu a site n'asụsụ ndị ntịịkpọ, ndị 'kama a ga-anwụ echi, ka a nwụọ taa, 'ndị a sị ka a chaa, a chaa', 'a sị ka a nọchie, a nọchie.' Ihe na-eshi eshi (leakage) a na-awara gọta bụ mmiri. Gọta (gutter) bụ ọwarị a na-egbuwara mmiri	O nweghị ihe ga-emenụ, mana ihe ọbụla merenụ, a ga-amarịrị ihe a ga-eme ya.

		n'ala ka o si na ya were na-ekwofe.	
36.	Ego bekee anaghị aga leeti (late)	Leeti (late) bụ ihe na-emeghịzi n'oge. Onye bịara leeti (late) bụ onye abịaghị ihe n'oge. Mana ọ dịghị otu ahụ n'ego. Mgbe ọbụla e nwetara ego, a na-enwe ọńụ. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	Ihe ọma enweghị mgbe ọ bịara ọ dị njọ. N'ihi ya, a na-anabata ihe ọma mgbe ọbụla ọ bịara.
37.	Onye ọbụla lụtara nwaanyị kpọọrọ onwe ya pọlisi.	Mmadụ lụọ nwaanyị, ọ mata n'ezie na nwaànyị bụ ibu arọ. Ọ bụkwa ibu arọ ahụ nwoke na-ebu n'ebe nwaanyị nọ ka a na-ahụta dịka nsogbu si n'aka nwaànyị were na-apụta. Ọnọdụ dị otu a na-eme ka nwoke na-eche na ọ bụ kemgbe ọ lurụ nwaànyị ka ọ malitere tawa oke ahụhụ ma banyekwa na nsogbu ọ maghị mgbe ọ ga-esi na ya	Anyị na-eji aka anyị wee wetara onwe anyị okwunaụka ma tinyekwa onwe anyị na nsogbu.,

		pụta. Onye ọbụla onye maọbụ ndị uweojii kpụụrụ ga-amatakwa na ọ banyela na nsogbu. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
38.	Ọ bụ Amagụ Amagụ na-achụ ehi.	N'oge gboo, ndị Igbo na-akpụpụ ehi ha n'ọhịa ebe ọ ga-anọ were na-ata nri (ahịhịa). Ha na-ekedo ehi ahụ ọgbịrị (ụdọ) n'olu ma makwụnye ya n'ihe ka ehi ahụ ghara ịgbapụ tutuu were ruo mgbe ọ ga-eje kpụlata ya. Ọ bụrụkwanụ na ehi si n'ebe e kedoro ya were gbapụ, a na-adị ọtụtụ were na-achụ ya ka e jide ya. Ọ bụ site na ndị bụ ndị Amagụ na-achụ ehi ka e siri nweta ilu a.	O nwere ihe jikọrọ ndị na-emekọ ihe, ọnụ.
39.	Ọ bụ otu Alahaji ka Awụsa na-achịrị ehi.	Ọ bụ ịchị ehi ka e ji mara ndị Awụsa. Ụdịrị ehi ha na-achị ka a maara dị ka ehi Awụsa. Otu onye	Ọrụ ọbụla a rụrụ maọbụ ọrụ ọbụla a na-arụ nwere oye a rụụrụ ya

		nwere ike chịrị ọtụtụ ehi na-akpagharị. Mana ehi ndị onye Awụsa chị akpagharị nweịrị otu oke ozu nwe ha n'ihi na onye ahụ na-achịgharị ha n'ọhịa ebe ha na-akpa nri bụ onye ụbịam. Ọrụ ka ọ na-arụ. Ọ rụchaa, a kwụọ ya ụgwọ. N'ala Awụsa, echichi a na-echi oke mmadụ maọbụ oke ozu bụ Alahaji (Alhaji). Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri wube ilu a.	maọbụ onye a na-arụrụ ya.
40.	Kpụọ m isi a kpụrụ Alụbaatị (Albert).	E nwere ụdịrị isi dị iche iche mmadụ nwere ike ịkpụ. Ị gaa na nke onye na-akpụ isi, ị gwa ya ụdịrị isi ọ ga-akpụ gị. Onye amaghị aha ụdịrị isi a ga-akpụ ya mana ọ maara na aha onye a kpụrụ ụdịrị isi ahụ ọ chọrọ ka a kpụọ ya bụ Alụbaatị	Ime mmadụ ka e siri mee ibe ya.

		(Albert). Ọ bụ site n'olu onye amaghị ụdịrị isi a ga-akpụ ya ka e siri nweta ilu a.	
41.	Iti alịloya abụghị maka onye dara ogbi.	Onye dara ogbi (dumb) bụ onye anaghị ekwu okwu. Ọ bụ onye ekwunwughị okwu o tiwe mkpu? Ọ gaghị ekwe omume. Alịloya bụ ụzọ ekpere na usoro ndị ụka na-eji iti mkpu were na-egosipụta nnabata Chineke, nkwenye ha na nkwụdosike ha n'ebe Chineke nọ ma ha na-ekpe ekpere. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	O nweghị ihe ga-eme ka mmadụ mee ihe ọ gaghị emenwu.
42.	Ọrịa ọbụla rịara Alahaji (Alhaji) rịa Amajeri (Almajeri), o gbunyụọ ya anya.	Alahaji (Alhaji) n'ala Awụsa bụ nnukwu ọgaranya afọ juru. Mana Amajeri (Almajeri) bụ ogbenye ọnụ ntụ na-ahụghị ihe o riri. Ọ bụrụ na ọrịa rịa Alahaji (Alhaji), ọ ga-ahụ ego ọ ga-eji	Ogbenye agaghị ebunwu ihe ọgaranya bu.

		gwọọ onwe ya. Mana ọrịa rịa Amajeri (Almajeri), ọnwụ adị ya ka okpu eze n'ihi na ọ gaghị enwetanwu ego ọ ga-eji gwọo onwe ya.	
43.	E jighị ụda egbe eyi nwoke ọbụla jere ọgụ Bọma egwù.	Ọgụ Bọma so n'ọgụ mba ụwa lụsoro onwe ha (World war) n'oge garala aga. N'oge ahụ, mba ụwa dị iche iche e nwere n'ụwa a bupụtara ụdịrị ngwa ọgụ dị iche iche na kwa ọtụtụ ngwa ọgụ iji were nweta mmeri n'agha ahụ. A kporọ agha (war) ahụ, agha mba ụwa (World war). Onye gachara agha ahụ were lọta, anula ụda ngwa ọgụ dị iche iche. Ọ bụ site na nghọta a ka e siri nweta ilu nke a.	Obi anaghị amapụ mmadụ n'ihe ọ karịrị.
44.	Ọ bụghị ebe tụraụza (trouser) ruru ka utu na-eru.	Tụraụza (trousers) bụ uwe ogologo ọkpa abụọ ụmụnwoke na-eyi.	Ihe anaghị aharu otu e siri chee na ọ ha.

		Tụraụza bụ uwe na-eto ogologo. Ọ na-esi n'ukwu wee kpụdaruo n'ichiri ọkpa abụọ nwoke yi ya. Utu (penis) na-adị n'etiti agada nwoke. Ọ bụ utu ka e ji atụwa nwaanyị ime. Utu na-eto ogologo mana o tofeghị n'agada ọ dị na ya ma ya fọdụzịkwa itoru ka tụraụza. Ọ bụ site n'ọnọdụ dị otu a ka e siri nweta ilu a.	
45.	Akwa nwaanyị ma were gaa egwu na-akọwa ụdịrị oche a ga-ebunye ya.	Ekike ụmụnwaanyị bụrụla agbara nwaanyị maọbụ bụrụla ndị nne nwaanyị na-eke, bụ ịma akwa n'ukwu. Akwa ha na-ama na-amalite n'ukwu ha wee kpụdaruo n'ichiri ọkpa ha. Ha na-ekekwuazị ịchafụ n'isi. Akwa ụmụnwaanyị na-ama dịcha n'iche n'iche. Nke ọbụla dị n'ụdị nke ya. Ọ bụkwa ka ha siri dị	Ọ bụ otu onye siri dowe onwe ya ka a ga-esi were ya.

		na kwa ka ha siri maa mma na-akọwa ọnụahịa ha. Ọ bụkwuazị ya na-akọwa otu e siri nabata onye yi ya. O kwesịkwara ka anyị mata na ọ bụ nkwenye ndị mmadụ na onye ọbụla yi akwa galara ọnụ bụkwa onye galara ọnụ. N'ihi ya, o kwesịrị ka e nye onye dị otu ahụ ọnọdụ welitere isi. Onye yikwanụ akwa enweghị isi bụkwanụ onye enweghị isi. N'ihi ya, ụdịrị ọnọdụ a na-enye onye dị otu ahụ bụ ọnọdụ enweghịkwa isi maka na ọ bụ otu onye dị, ka ihe ya na-adị. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka e siri wube ilu a.	
46.	Okokporo ji ngaji eri nri na be ya, ọ bụ onye ga-arachara ya afere.	Okokporo (bachelor) bụ onye alụbeghị nwaanyị. O nweghị onye ya na ya bi n'ụlọ. Ọ bụ	Mmadụ kwesịrị ka ọ jụọ onwe ya ajụjụ banyere ọnọdụ ya n'ụwa.

		naanị okokporo na-ebi n'ụlọ ya. Tupu bekee abata n'ala Igbo, ihe e ji eri nri bụ aka maọbụ nkọbọ. Mana, ọ bụ ka bekee batara ka ngaji (spoon) so ya were bata. Ọ bụkwa ngaji ka e jizi eri nri dị ka osikapa, ji, ụkwa, akamụ, dgz. Ọ bụrụ na e richaa nri n'oge gboo, ọ bụkwa ụmụaka na-aracha afere maọbụ ọkụ e jiri rie nri. Mana okokporo enweghị ụmụaka n'ihi na ọ lụghị nwaanyị. Maka na ọ bụ onye lụrụ nwaanyị na-amụta nwa maọbụ ụmụaka. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka e siri wube ilu a.	
47.	Ọ bụrụ na a gbachaa ọsọ, a gụọ maịlụ (mile).	Maịlụ (mile) bụ ntụaka ole ogologo ụzọ dị. Ọ bụ ntụaka ole (maịlụ) a gbara n'ọsọ na-akọwa ka ọsọ a gbara ha. Site na nghọta a ka e siri	O kwesịrị ka mmadụ ghọta na ọ ga-akọwarịrị ka ya na ihe mere ya siri jee.

		nweta ilu a.	
48.	Ọ bụ nwataakwụkwọ mechara bụrụ onyenkuzi.	Ịgụ akwụkwọ n'ụlọakwụkwọ so ndị ọcha were bịa. Ọ bụkwa onyenkuzi (teacher) na-akụziri nwataakwụkwọ (pupil/student). Ọ bụkwa nwataakwụkwọ mụtachaa, ọ kụziwere ndị ọzọ na-esota ya. Ọ bụ site n'usoro ndụ dị otu a ka e siri malite ilu a.	Mmadụ anaghị atọ na nwata n'ihi na ụwa bụ onye tolite, o tokwuru. Maka na ọ bụ nwata ga-emecha bụrụ okenye.
49.	A gaghị ekworo na Nwaụdụego na-ebu azụ were ga bute nwaịkpịnkwụm.	Nwaụdụego bụ aha nwaanyị na-agba mgbere azụ. Nwaịkpịkwụm bụ ụdịrị azụ kacha mma. N'ihi ya, a gaghị agbasoro maka na a chọrọ ka e butewe azụ rewe otu ahụ Nwaụdụego si eme were gaa bute azụ adịghị mma. Ọ bụ site n'ịgba mgbere azụ ka e siri nweta ilu a.	A gbasokwala maka na ị chọrọ ka i mee ihe mmadụ ibe gị mere were ga mee ihe ị kwesịghị ime.
50.	Ka Okeke jechara amị, kedụ buutu ya.	Buutu (boot) bụ akpụkpọụkwụ ndị agha (ndị amị	Gịnị ka mmadụ gbatara na mbọ niile ọ gbara.

		maọbụ ndị soja) na-eyi n'ọkpa. O so n'ekike ndị agha (ndị amị/soja).Buutu sokwuazị n'ihe e ji amata onye amị (a soldier). Onye bụ onye amị yichaa akwa amị (military uniform), o yirikwa akpụkpọụkwụ ndị amị, ya bụ buutu, iji were mee ka ekike ya dị ka onye amị (a soldier) zuo oke. Buutu (boot) sokwa n'ihe e ji ama na mmadụ bụ onye amị/onye soja. Ọ bụ site n'ekike ndị amị (soldier) ka e siri nweta ilu a.	
51.	A wụo awọ mmiri ọkụ, ọ ghọta na mmiri dị abụọ.	Awọ (toad) bụ obere anụ na-ebi n'elu ala na kwa na mmiri (amphibious creature) Ọ na-ama ama (it jumps). Awọ na-anọkarị n'ebe jụrụ oyi na kwa ebe obere mmiri dọkọ. Awọ anaghị anọ ebe na-	Ihe siri ike mee mmadụ, ọ mata na ụwa adịchaghị mfe ka o siri chee.

		acha ya ahụ, ọkụ. Ọ maghịkwa na e nwere mmiri ọkụ n'ihi na ọ bụ mmiri oyi ka ọ na-anọkarị na ya. Mana, mmiri ọkụ metụ ya, ọ gbagbuo onwe ya n'ọsọ. Maka na ọ maghị na e nwere ihe dị otu ahụ. A naghị eri awọ eri. Ọ bụ site na ndụ awọ ka e siri nweta ilu a.	
52.	Ọgọ bụ chi onye abụghị maka onye ọgọ ya na-akwa baro (barrow)	Baro (barrow) bụ ihe e ji ebu ibu. Ịkwa baro (pushing barrow) bụ ọrụ siri ike. Ọ bụghị ihe onye ume adịghị ga-emenwu. Ego a na-akwụ onye baro (barrow) ma o buchaara mmadụ ibu na-adị ezigbo nwantakịrị. E jighị onye na-akwa baro (barrow) ama atụ ọgaranya n'ihi na ọ bụ ejisiike ka onye na-akwa baro (barrow pusher) ji eriju afọ. Onye na-akwa baro anaghị	Mmadụ kwesịrị inwe mmadụ ga-azọpụta ya ma ọ nọrọ na mkpa maọbụ nwee mkpa.

		enweta ego ga-ezuru ya ma ya fọdụzịkwa nke ọ ga-eji nyere ikwunaibe ya aka. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka e siri nweta ilu ọgbaraọhurụ a. O kwesịkwara ka anyị mata na baro (barrow) bụ ndị ọcha rụpụtara ya maka iji were na-ebu ibu. Mana tupu baro abata na be anyị, ndị be anyị bụ ndị Igbo na-ebu ibu. Ọ bụ isi ka ndị Igbo ji ebu ibu. Ha na-agwọ ajụ (head pad made from leaves or cloth – Echeruo (N'afọ puku abụọ na otu: ih. irinaanọ) tụkwasa n'isi tupu a dọkwasazie ihe ọbụla a chọrọ ibu maọbụ ibu ọbụla a ga-ebu. Ajụ ahụ bụ ka ihe ahụ a ga-ebu ghara imerụ onye ga-ebu ya, ahụ n'isi. Ọ bụ site	

		n'ọnọdụ dị otu a ka ilu a siri pụta.	
53.	Onye a hurụ n'ụlọụka ka a na-agwa okwuchukwu.	Ekpemekpe ụka bụ ekpemekpe ọgbaraọhụrụ so ndị ọcha wee bata n'ala Igbo. Tupu ekpemekpe ụka amalite n'ala Igbo, ndị Igbo nwere ụdịrị ekpemekpe nke ha, nke ha si na ya were na-ekpere chi ha ma na-asọpụrụkwa Chukwu. A maara ụdịrị ekpemekpe ndị Igbo a dị ka ekpemekpe ọdịnaala ma bụrụkwa ekpemekpe gbadoro ụkwụ na ndụ ọma, omume ọma, àgwà ọma, dgz. Ọ bụkwa ekpemekpe kporọ ihe ọjọọ na ndụ ọjọọ, asị. O kwesịrị ka anyị mata na ụlọụka na okwuchukwu so ekpemekpe ụka ọgbaraọhụrụ were bata. Ụlọụka bụ ụlọ	Ọ bụ onye a hụrụ anya ka a na-eme ihe.

		ebe a rụrụ ma bụrụkwa ụlọ ebe ndị kwenyere n'ekpemekpe ọgbaraọhụrụ na-anọ were na-anụ okwu Chineke, okwu banyere ndụ ọma, àgwà ọma na omume ọma. Naanị ndị na-anụ maka okwu Chukwu ahụ na kwa banyere ndụ ọma bụ naanị ndị batara ma nọrọ n'ụlọ ahụ a rụrụ maka ya bụ okwu Chineke na kwa okwu ndị ahụ banyere ndụ ọma. A naghị akpụta mmadụ akpụta ka ọ bịa gere ya bụ okwu a na-ekwu banyere Chukwu. Ọ bụ naanị ndị a hụrụ n'ụlọ ahụ a rụrụ maka ịnọ were na-agbasa ozi ọma banyere Chineke na kwa ibi ezigbo ndụ n'ụwa ka e were nwee ike laa n'udo ma lakwurukwa	

		Chukwu kere ụwa, ka a na-agwa okwu. Ọ bụ site na nghọta dị otu a ka e siri nweta ilu ọgbaraọhụrụ a.	

Ilu ndị a niile e depụtara n'elu, kọwaa ha ma deekwaa nsirinweta ha bụkwa ilu ndị a na-enweta ma na-atụkwa n'oge ugbua. Ọ bụkwa ndị ugbua bụ ndị wepụtara, hibere ma chịkọba ha site n'ihe ha na-ahụ, ihe gbara ha gburugburu, ihe ha chọpụtara, ihe mere ha na kwa ndụ ha na-ebi n'oge ugbua. O kwesịrị ka anyị mata na ndị Igbo agaghị ahapụlata iji ilu ekwu okwu maọbụ iwepụta ilu ọhụrụ n'okwu ha n'ihi uru ilu bara na kwa mkpa ọ dị n'asụsụ ha bụ asụsụ Igbo. Ọ bụ nkwenye dị otu a kpatara Ogbalu (1974: 205) jiri kọwaa ma rụtụkwa aka:

> Onye na-amaghị ilu agaghị asị na ya amụtala Igbo. Ilu bụ ụzọ ndị maara ihe ji ekwu okwu. Onye maara ihe na onye maara ihe nọdụ, ha adịghị egbuwa akụoyibo Nsugbe n'ọnụahịa… Nkọwa ilu Igbo abụghị ihe dị mfe n'ihi na ndị Igbo na-eso ihe mere eme atụ ilu…

N'ezie, ka chi na-efo ka okwu ọhụrụ na-apụta n'asụsụ Igbo. Emenanjo (2001: 28) kwetara na nke a site n'ịkọwapụta sị:

> N'agbanyeghị ihe niile merela ndị Igbo, asụsụ ha na omenaala ha, asụsụ ha ka kwudosikwara ike ma bụrụkwa nke ha ka na-asụ…ugbua e nwere narị kwuru narị ma ọ bụrụ na ọ bụghị puku kwuru puku mkpụrụokwu, ndọkọokwu, ilu, ụkabụilu, asịniilu, ma akụkụ, mgbọọnụ, okwu ụbụbọ, njakịrị banyerela na lezikọn

> maọbụ akpaokwu asụsụ Igbo. Ọ ga-abụkwa ihe kwesịrị ekwesị na okwu ndị a bụ nke na-agba ndị na-abụghị ndị Igbo gharịị. Asụsụ Igbo bụ asụsụ jupụtara n'okwu nghọta ha a maara dịka okwu a gwara ọgwa.

Iji mee ka nkọwa a ruo ala, ọtụtụ ilu ọhụrụ ndị ahụ e depụtara bụkwa ndị nke a kpọrọ ilu ugbua maọbụ ilu ọgbaraọhurụ, bụ okwu Igbo na okwu bekee mejupụtara ha. Mana, ọtụtụ mgbe ka ndị Igbo na-ekwu okwu ndị a ma werekwa ha na-akọwa onwe ha na-amaghị na ọ bụ ilu ka ha mebere ma na-atụkwa. Ọ bụ ya kpatara o jiri dị mma ka e detuwe ha n'akwụkwọ maka echi ndị Igbo. O kwesịkwara ka e leba anya ma matakwa maka ilu ugbua (ilu ọgbaraọhurụ), nkọwa ha, nghọta na Nsirinweta ha maka na ọnodụ dị otu ahụ ga-enyere aka n'ụzọ purụ iche n'ịmata, ịghọta, ikpokọta, ịchịkọta, ịkọwa na ikuzi ha n'oge ugbua na kwa n'ọdịniihu n'ihi na ọ bụ mmiri e kutere n'ụtụtụ ka a na-ańụ n'ehihie. Maka na onye amaghị maka taa ya anaghị ama maka ụnyahụ ya.

Isi Nke Iriabụọ Na Otu

NCHỊKỌTA EDEMEDE MAKA ILU

Ilu bụ asụsụ Igbo. Asụsụ Igbo bụrụkwa ilu Igbo. Igbo ebuka. O kwesịrị ka onye ọbụla bụ onye Igbo, onye na-asụ asụsụ Igbo maọbụ onye na-amụ asụsụ Igbo mara maka ilu n'ihi na ọ bụ ilu bụ mkpọrọgwụ ji asụsụ Igbo. Ilu mere ka asụsụ Igbo dị omimi ma jupụta n'ihe mmụta. Ọ na-emekwa ka onye na-asụ asụsụ Igbo na onye a sụụrụ asụsụ Igbo na-enwe ezi nghọta ma na-echemikwa echiche ime. N'ezie, onye ọbụla anaghị aghọta ilu Igbo bụ onye na-ekoro n'elu na nghọta asụsụ Igbo. Mana, nghọta ilu Igbo na-eme ka echiche ruo ala ma zuo oke.

N'edemede a e dere banyere Nsirinweta ilu Igbo, e mere ka onye ọbụla mata ihe bụ ilu, uru ilu Igbo bara, mgbe ilu Igbo malitere, otu ilu Igbo siri malite, ebe e siri nweta ilu Igbo, nghọta dị n'ilu Igbo, otu e si akọwa ilu Igbo, mmụta dị n'ilu Igbo, nkuzi e si n'ilu Igbo enweta, mgbaziọnụ, ndụ ndị Igbo na usoro kwesịrị ekwesi e si ezipụta ilu Igbo. N'ezie, o kwesịrị ekwesị ka anyị mata na ilu Igbo bara uru karịa ka e si ahụta ya. Ihe mmụta dị omimi dị n'ilu Igbo ma karịkwaa otu anyị siri chee. Ihe ilu Igbo na-akụziri anyị dị ọtụtụ n'ihi na o nweghị usoro ndụ ọbụla ma nke ọma, ma nke ọjọọ, ilu Igbo arụtụghị aka na ya. Ihe niile gbasara ndụ anyị dị n'ụwa a dị n'ilu Igbo. Onye Igbo ọbụla maara maka ilu Igbo anaghị azọhie ọkpa na ndụ n'ihi na ihe ọbụla anyị mere, ihe ọbụla anyị na-eme banyere ụwa, ihe anyị na-eche banyere ụwa, ihe anyị ga-eche gbasara ndụ anyị na echi anyị, ha niile dịcha n'ilu Igbo. Ndị gboo bụ ndị malitere asụsụ Igbo na ilu Igbo, chịkọrọ ihe niile banyere ndụ anyị, ụwa anyị nọ n'ime ya, nghọta anyị, akparamagwa anyị, echiche anyị, ọnụ n'ilu Igbo iji were mee ka anyị nwee nghọta nke ụwa, nwee amamihe kwesịrị ekwesị, kpachapụ anya n'ụwa anyị nọ n'ime ya ma doziekwa ụwa otu kwesịrịnụ ka o were bata onye ọbụla.

Ọ bụkwa ihe magburu onwe ya na mma na a na-eme ihe mmụta pụrụ iche banyere ilu Igbo n'ihi na ọnọdụ dị otu a ga-eme ka anyị na-amata ilu, na-aghọta ilu ma na-atụ ilu. Ilu ndị mgbeochie mebere ma wube dị ka aja dị n'ala. O kwesịrị ka anyị bụ ndị Igbo nọ ndụ chọpụta ha, mụọ maka ha, marakwa ha ma detuo ha n'akwụkwọ n'ụzọ kwesịrị ekwesị maka ụmụ anyị, ụmụnna anyị na kwa agamniihu asụsụ na omenaala Igbo. Ihe ilu Igbo jiri magbuo onwe ya na mma bụ na ọ rụtụchara aka n'ihe banyere ndụ anyị dịka ịhụnanya, ịgba mbọ, esemokwu, anyaukwu, akpọmasị, amamihe, ekworo, anyaụfụ, ịdịnaotu, ịkọ ọnụ, ọrịa, agụụ, ọgaranya, okpukperechi, ịdị asọ, mmegbu, mmeri, mmadụ, nwoke, nwaanyị, alụmdinanwunye, nkuzi, mkpagbu, ịdị uchu, ize ndụ, ngana, ịlụ ọgụ, okwunaụka, ihe ọjọọ, mmekọrịta, nkewa, ezi agwa, ekike, dike, echi, ịńụ iyi, ụmụnna, ụmụọkpụ, ịgba ndụ, ịdọ aka na ntị, ịkwụba aka ọtọ dgz. Ihe niile e depụtara n'elu banyere ilu nwechara otu ilu Igbo si were kwuo maka ha ma mee ka anyị bụ ndị nọ ndụ mara maka ha ma werekwa ha na-eme ihe.

Mana, ọ bụ ihe mwute na ndị ugbua amaghịzị maka ilu. Ọtụtụ ndị be anyị bụ ndị Igbo amaghịkwa otu e si eji ilu were na-asụ asụsụ Igbo. Ụfọdụ ndị Igbo amaghịkwa ihe bụ ilu, ha amaghị ka e si atụ ilu. Ha amaghịkwa ihe dị iche n'ilu na atụmatụ okwu ndị ọzọ dị ka akpaalaokwu. Edemede a nyere nkọwa nke ọma banyere ilu, otu e si atụ ilu na kwa ndịiche dị n'ilu na akpaalaokwu. Ụfọdụ ndị ugbua amarughị ihe banyere ihe ndị a gbasara ilu n'ihi otu nghọta ha hadebere banyere ilu na asụsụ Igbo. Ọtụtụ mgbe ka ndị Igbo ndị ugbua bụkwa ndị ọgbaraọhụrụ n'ihi nghọta ha na-erughị ala, na-akpọdo ilu Igbo isi n'ala ma chịlie ya ọkpa elu. Ọ bụ maka na ha enweghị nghọta miri emi na kwa ezi akọnuche kpatara ha ji achọ ka ha megharịa ma tụgharịa ilu Igbo ụfọdụ ndị gboo wubere jupụtara na mmụta na nkuzi miri emi. Iji maa atụ, ndị gboo chepụtara, nweta ma wube ilu a na-esota:

"E zuo ka a ha eri udele, a tọtuo ngịga."
Mana, ndị ugbua site na nghọta ha ko n'elu were tụgharịa, hazigharịa, megharịa ma na-ekwuzi na ilu a ga-abụzị:

“E zuo ka a ha eri anụ, a tọtuo ngịga.”

A gaghị ata ha ụta n’ihi na ọ bụ otu uche ha, ha ka ha kwuru. N’ezie, ndị mgbeochie ka ndị ugbua wee mara ihe nke ụwa n’ụzọ ọbụla. Echiche ndị ugbua atụchaghị nnu ka echiche ndị gboo. Ilu ahụ kwesịkwara ịbụ ihe ahụ ọ bụ ma dịrịkwa otu ahụ ndị mgbeochie siri wube ya. Ya bụ *‘E zuo ka a ha eri udele, a tọtuo ngịga.’* N’ilu a, ndị gboo si n’udele were nweta ya n’ihi na udele bụ anụ a maara na-asa ụsa anụ nnukwu. N’ihi ya, ihe ndị gboo na-akọwa n’ilu a bụ na:

> ‘Ọ bụrụ na ndị na-asa ụsa zukọọ ma nọkọọ ọnụ, anụ na azụ dị na ngịga agwụ.’

Ilu ọzọ kwa a ga-eji maa atụ ilu ndị ugbua na-akpọdo isi n’ala bụ nke a:

“Egbe bere, ugo bere, nke sị ibe ya ebela, nku kwaa ya.”

Ndị ugbua (ndịọgbaraọhurụ) tụgharịrị ilu a n’otu ọ ga-esi were daba n’ụdịrị ndụ ha na-ebi ugbua, ndụ ọjọọ, ndụ inye nsogbu na ndụ mkpagbu na mmegide. Mana, ndị mgbeochie si na ndụ egbe na ugo were nweta ilu ahụ ma wubekwa ya, nwere ihe ha bu n’uche ha ji were chepụta ilu ahụ. Ndị gboo maara na egbe bụ nnụnụ na-ebi ajọ ndụ, Ugo bụrụkwanụ nnụnụ bụ sọ mma na-enweghị nsogbu ọ na-enye. N’ihi nke a, ndị gboo ji ilu were na-akọwa na o kwesịrị ka a na-emekọ ihe ọnụ ma na-ebikọkwa ọnụ, ka a ghara inwe onye ga-emegide ibe ya. Na onye ọbụla megburu ibe ya kwesịrị ka o nwee nnukwu nsogbu nke ga-eme ya ka ọ kwụsị ime ihe ọjọọ. Mana, ndị ugbua na-akọwapụta na o kwesịrị ka e meere onye na-emerụ ala, ebere, hapụ ya ma haziere ya ọnọdụ. Ọ bụ echiche dị otu a kpatara mpụ na arụrụala ji arị ibe ya elu na be anyị ugbua maka na ndị na-arụ ala, na-epu eze elu, a hapụrụ ha, na-etu ha aha, na-echi ha echichi ma na-eweliri ha aka elu, ha wee mere ihe ọjọọ na-aga n’ihu n’ihi na *‘nku akwaghị ha’*.

Ọzọ kwa bụ na ndị ugbua sị na ọ dị mma ka e were ilu ọhụrụ gbanwoo ilu ochie bụ nke ndị gboo wepụtara. Echiche dị otu a adabaghị adaba chaachaa n'ilu n'ihi na ilu Igbo anaghị agba ụka. Ọ bụ ka ọ na-anọte aka ka ọ na-adịwanye omimi na nghọta. Maka na ọ bụ egbe kara nka na-abụ egbe nkanka nku ma buruụkwa egbe kacha ibe ya mara ihe ma marakwa ka e si efe n'elu. O kwesịrị ka anyị mata na ilu Igbo nọtere ezigbo aka na-aghọrọ udele gba ọla maka na udele ọbụla gba ọla ka a na-amata dị ka eze udele.

O kwesịkwara ka anyị mata na o nweghị otu a ga-esi tụnyere ilu ndị mgbeochie na ilu ndị ugbua. Ilu ndị gboo ka ilu ndị ugbua mma n'ihi na ilu ha na-adị omimi nnukwu karịa ilu ndị ugbua. N'edemede a, a kọrọ maka ilu ndị gboo ma depụtakwa ilu ndị ugbua (ilu ọgbaraọhụrụ), ọ bụrụ na e leruo ụdịrị ụzọ ilu abụọ ahụ (ilu ndị gboo na ilu ndị ugbua) anya, a ga-ahụ na ilu ndị gboo ka wee rọọ arọ, dị ọkpụrụkpụ, dị omimi ma kwụzuo akwụzu n'amamihe. Mana, ilu ndị ugbua dịcha ka ofe gbara mmiri na okpokoro mbubo (obele) ihe adịghị n'ime ya. Ilu ndị ugbua akaghị aka maọbụ rọọ arọ ka ilu ndị mgbe gboo. Nke a na-egosipụta na ụdịrị ilu ndị ugbua bụ nke na-akwụdosighị ike ma gbaa mkpọrọgwụ n'ala ka ilu ndị gboo. N'ezie, echiche ndị ugbua anaghị erucha ala ka nke ndị gboo n'ihi otu ha si agbaso ihe ụtọ nke ụwa. Ndị gboo tara ahụhụ nnukwu na ndụ ha. Ọ bụ ọnodụ dị otu ahụ kpatara ha ji maruo ihe ala karịa ndị ugbua maka na ọ bụ onye taa ahụhụ ọ mara ihe.

Ọ bụ eziokwu na edemede a dere ma kọwaa nke ọma ihe bụ ilu na kwa ọtụtụ ihe gbasara ilu na nsirinweta ilu. Mana, nke a anaghị egosipụta na e dechaala ihe a ga-ede banyere ilu. Ilu dị nnukwu, n'ihi ya ihe a ga-ede maka ya bara ụba. Edemede a edechaghịkwa ihe niile banyere ilu. Kama, olileanya bụ na ihe niile e dere maka ilu n'ime edemede a ga-enyere onye ọbụla chọrọ ide ihe ọbụla banyere ilu, aka, n'ụzọ pụrụ iche. Maka na ọ bụ mmiri na-enyere akwụ aka o were gbaa mmanụ.

EDENSIBỊA

Abazie, B. C. (1989). *Amamgịnị - Akwụkwọ Agwụgwa.* Obosi: Pacific Publishers.

Achebe, C. (1958). *Things Fall Apart*. London: Heinemann.

Achebe, C. (2012). *There was a Country*. London: Pengiun Group.

Adindu, M.C. (2012). Word Attrition and Meaning in the Igbo Proverb: Semantic Distortion and Currency Paradigm. In *The Igbo People* 203-213. Port-Harcourt: African Enterpreneurship and Leadership Initiative.

Akinwale, O.T (2009). The Structure and Functions of English Idioms. *Nigerian Journal of Humanities and Social Sciences*, 3 147-156.

Aniche, C. (2013). *Igbo Speech Varieties.* Abuja: Centre for Igbo Arts & Culture.

Anigbo, O.A.C (1992), *Igbo Elite and Western Europe*. Onitsha: Africana – Fep Publishers Ltd.

Anikwe, F.I (2012). *The Church and The New Yam Festival.* Enugu: Jully Prints.

Anizoba, O. (2013). *Nkemakọlam: Ndị Igbo na Asụsụ Ha.* Onitsha: Varsity Publishing Company.

Anugom, O. A (2010). *Ahụ mmadụ: Nsọpụrụ Kwesịrị Ya.* Owere: Nkuzi Odenigbo, Achịdayọsis Katọlik Nke Owere.

Aremo, O.A. (2009). *How Yoruba and Igbo Became Different Languages.* Ibadan: Scribo Publications Limited.

Ashipu, K.B.C (2007). The Translation of African Proverbs into European Languages: Problems and Solutions. In *English and Nigerian Languages – A Festchrift for Munzali A Jubril Ozo – Mekuri Ndimele* 605-615. Port-Harcourt: M & J Grand Orbit Comunications Ltd & Emhai Press.

Basden, G.T. (1982). *Among the Ibos of Nigeria.* Onitsha: University Publishing Company.

Chado, L. (2010). Use of Oral Literature in Rebranding Nigeria: The Hausa Example. *Ojola – Obudu Journal of Languages,* 100-106.

Chukwu, C. (2014). *Igbo Oratory*. Enugu: ABIC Books & Equip. Ltd.

Chukwu, H.C. (2012). Igbo Oral Literature. In *The Igbo People*. Port-Harcourt: African Enterpreneurship and Leadership Initiative.

Davids, P.K (1980). *Ilulu Igbo – N'ime Igbo (The Text Book of Igbo Proverbs).* Onitsha: University Publishing Company.

Dike, K. (1999). *The True Origins of Igbos and Other Tribes in the World.* Umuahia: Peter Publishers.

Ebeogu, A.N. (2012). *The Igbo, Their Literature and the Nigerian Project. 15th Inaugural Lecture,* Abia State University, Uturu, Nigeria. Enugu: Dawn Functions Nigeria Limited.

Echeruo, M.J.C. (2001). *Igbo-English Dictionary (A Comprehensive Dictionary of the Igbo Language with an English-Igbo Index).* Ikeja: Longman Nigeria PLC.

Echeruo, M.J.C. (2014, May 25). Igbo Proverbs Made Easy. *Sunday Vanguard*, 50.

Ejiofo, P (2006). *Ibeku Ndị Igbo Maka Asụsụ Igbo.* Awka: Valid Publihing Company.

Eke, J. G. (1995). *Ilu Ndị Igbo: A Book of Igbo Proverbs and Meanings*. Mbeyi & Associates.

Eke, J.G. (2001). *Igbo-English Dictionary. (Okọwa Okwu) – For the Millenium.* Enugu: New Generation Books.

Ekegbo, R.N & Ezeuko, R. O (2012). Igbo Proverbs as an Embodiment of Good Governance. In Chiegboka, A.B.C. (Eds.), *The Humanities & Good Governance* (pp. 292 – 299). Nimo: Rex Charles and Patrick Ltd.

Emenyeonu, E. N. (1978). *The Rise of the Igbo Novel.* Ibadan: Oxford University Press.

Emenanjo, E.N. (1989). *Atụmatụ Agụmagụ na Atụmatụ Okwu.* Ibadan Longman Nigeria Limited.

Emenanjo, E. N. (1991). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Igbo Izugbe.* Ikeja: Longman Nigeria Plc.

Emenanjo, E.N. (2001). Tony Uchenna Ubesie (1950 – 1994) – The Man and The Artist – A Personal Assessment. In E. N Emenanjo (Ed.), *Tony Ubesie: The Man & The Artist* (pp. 1 -18).

Emenanjo, E.N. (2001). *Igbo or Igboid: Asụsụ N'agbụrụ Ndị Igbo – Languages in Igbo Civilization.* Owerri: Ministry of Information and Culture.

Emenanjo, E.N. (2008). Proverbs As Picturesque Speech: The Example of Igbo. In Ikwubuzo, Ohiri – Aniche, C & Nnabuihe, C. (Eds.) *Udezuluigbo – A Festschrift in Honour of Sam Uzochukwu* (pp. 2-38). Lagos: Green Olive Publishers.

Emenanjo, E.N. (2010). *Sọmayịna: Ike Otu Onye na Ndụ Ndị Igbo.* Onitsha: Versity Publishing Co. Ltd.

Eze, N.U (2011). *Cultural Identity – Ikwo Clan, Issues and Challenges.* Abakiliki: Citizens Advocate Press.

Ezechi, J.C. (2011). *The Dead Never Gone.* Enugu: Kingsley's Production.

Ezema, T.O (2012). *Nkuzi Agụmagụ Ọdịnaala Igbo.* Kontagara: Victory Press.

Ezenwanebe, O.C (2004). Languages and Culture in Nigeria: In Ozo-Mekuri Ndimele (Ed.). *A Festschrift for Oko Essien*.

(pp. 291-296), Aba: National Institute for Nigeria Languages. Port-Harcourt: M & J. Grand Orbit Communications Ltd.

Ezeomeke, S.O (1999). *Igodo Nghọta Ụtọasụsụ Igbo*. Enugu: Easy Qaulity Press.

Fabunmi, A.F. (2007). The Syntax of Auxiliaries in the Yoruba Language. In Ozo-Mekuri Ndimele (Ed.). (pp. 811-822) Port-Harcourt: M & J Grand Orbit Communications Ltd. & Emhai Press.

Finnegan, R. (1970). *Oral Literature in Africa*. Kenya: Oxford University Press.

Grambom – Herranen, L. (2011). How Do Proverbs Get Their Meanings? The Model Interpretation Based on a Metaphor Theory. In B. Nowowiesjski (Eds.), Bialostockie Archiwum Jezykowe. (pp. 47-67). Bialystock: Wydawinictwo Unwersytetu W. Bialystock.

Green, M.M. Igwe, G.E. (1963). *A Descriptive Grammar of Igbo*. London: Oxford University Press.

Greenberg J. H. (1966). The Languages of Africa (2nd ed. With additions and corrections) Bloomington: Indiana University.

Honeck, P. R. & Temple G. J (1994). Proverbs: The Extended Conceptual Base and Great Chain Metaphor Theories. Vol. 9, Issue 2.

Ianna, B.P. (2007). The Linguistic Variable in Cultural Erosion: The Tiv Experience. *KIABARA Journal of Humanities,* 13 157-170.

Igbo. P.C. (2012). *Elements of Igbo Culture and Tradition.* Onitsha:Goodmark Prints Inc

Ikekeonwu, C. I. (1995). Conventionalism and Pragmatism in Igbo Standardisation. In A. E Afigbo (Ed.), *F.C. Ogbalu and the Igbo Language.*

Ikwubuzo, I. (2012). The Church and The Diasporic Igbo Child. Ofo – *Journal of Translatlantic Studies* 68.

Ilogu, E. (1974). *Christianity and Igbo Culture. Onitsha:* University Publishing Company.

Ilogu, E. (1985). *Igbo Life and Thought.* Onitsha: University Publishing Company.

Isichei, E. (1977). *Igbo Worlds.* London: Macmillan Education Limited.

Iwuchukwu, C. G. (2007). Language Convergence & Urbanization in Africa: The Case of Chinedu Ofomata's Ihe Ọjọọ Gbaa Afọ. In Ozo – Mekuri Ndemele (Ed.) *English & Nigerian Languages – A Festschrift for Manzali A. Jubril* (pp. 615 – 624). Port-Harcourt Communications Ltd and Emhai Press.

Lakoff & Turner, M. (1989). More than Cool Reason: A Field Guide to Poetic Metaphor.

Madubuike, I (2012). *The Challenge in Nigeria – Beyond Rancour and Recrimination*. Glassboro, New Jersey, USA: Goldline and Jacobs Publishing.

Mbah, B. M, Mbah, E.E. (2007). *Azuonye Lectures on Igbo Literature and Stylistics.* Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Mbachu, R. (1998). *African Tales in Igbo Proverbs*. Omenala Africa Network.

Mmaiyanga, A. (2000). Illocutionary Arts and the Proverbs: A Study of Declaratives, Assertives, Imperatives and Commissives in Igala Proverbs. In Oyewole A. (Ed.), *Nigerian Languages in the Third Millenium* (pp. 225 – 279). Akure: JBS Printing and Publishing Company.

Ngoesi, M.C. (1993). *Nchịkọta Ihe Ọmụmụ Nke Asụsụ Igbo Maka Ule Siniọ Sekọndịrị*. Onitsha: Optimal Press Limited.

Nnaji, H. I. (1985). *Modern English – Igbo Dictionary.* Onitsha: Gonaj Book.

Noah, I. A. (2009). Proverbs: Verbal Delegation in Ibibio. *Nigeria Journal of Humanities & Social Sciences,* 3 (pp 91 – 93).

Nsolibe, O. T. (2006). *The Profane in Ofomata's Novels*. Unpublished Master's Thesis, University of Nigeria, Nsukka.

Nwachukwu – Agada, J. O. J. (2002). *The Igbo Proverbs – A Study of its Content, Performance and Functions*. Enugu: John Jacob's Classic Publishers Ltd.

Nwachukwu, P.A. (1995). Tone in Igbo Syntax. Nsukka: The Igbo Language Association.

Nwadike, I. U. (1981). *Ntọala na Nnyocha Agụmagụ.* Ihiala: Deo Gratias Publishers.

Nwadike, I. U (1992). *Ntọala Agụmagụ.* Nsukka: Ifunanya Publishers.

Nwadike, I. U (1990). *Nka na Usoro Nkuzi Igbo. (Igbo Methodology)*. Nsukka: Ifunanya Publishers.

Nwadike, I. U (2003). *Agụmagụ Ọdịnaala Igbo (Igbo Oral Literature).* Onitsha: Africana First Publishers Limited.

Nwadike, I. U (2009). *The Igbo Proverbs – A Wider Perspective.* Nsukka: Pascal Communications.

Nwala, T. U. (2010). *Igbo Philosophy – The Philosophy of Igbo – Speaking People.* New – York: Triatlantic Books.

Obiechina, E. (1975). *Culture, Tradition and Society in the West African Novel*. Cambridge University Press.

Obodo, N. B. (2014). *Ilu Igbo Ụfọdụ na Ụdị Ha Dị Iche Iche.* Enugu: Format Publishers (Nig) Ltd.

Ofomata, C. E. (2000). Mmụta *Ụtọasụsụ Igbo Maka Junịọ Sekọndịrị Nke Mbụ.* Enugu: Format Publishes (Nig) Ltd.

Ofomata, C. E. (2000). *Mmụta Ụtọasụsụ Igbo Maka Junior Sekọndịrị Nke Atọ.* Enugu: Format Publishers (Nig) Ltd.

Ofomata, C. E. (2002). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo Nke Ndị Junịọ Sekọndịrị.* Enugu: Format Publishers (Nig) Ltd.

Ofomata, C. E. (2004). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo Nke Ndị Sinịọ Sekọndịr*ị. Enugu: Format Publishers (Nig) Ltd.

Ofomata, C. E. (2007). *Jụọ M Igbo. Enugu:* Format Publishers (Nig) Ltd.

Ofomata, C. E. (2007). *Ndezu Ụtọasụsụ Nke Ndị Praịmarị.* Enugu: Format Publishers (Nig.) Ltd.

Ofomata, C. E. (2011). *Igbo Anyị Maka Praịmarị Nke Anọ.* Enugu: Format Publishers (Nig) Ltd.

Ofomata, C. E. (2011). *Igbo Anyị Maka Praịmarị Nke Ise.* Enugu: Format Publishers (Nig) Ltd.

Ofomata, C. E. (2012). *Omenaala Na Ọdịnaala Ndị Igbo.* Enugu: Format Publishers (Nig) Ltd.

Ofomata, C. E. (2013). *Igbo, The Language on the Verge of Extinction – A Cause for Urgent Action.* Enugu: Goldfingers Publication Ltd.

Ofomata, C. E. (2013). *Saving Igbo Language from Extinction.* Enugu: Goldfingers Publication Ltd.

Ofomata, C. E. (2013). *Unveiling the Views.* Enugu: Format Publishers (Nig) Ltd.

Ofomata, C. E. (2013). *The Impact of Igbo Man's Attitude on the Development of Igbo Language.* Enugu: Format Publishers (Nig) Ltd.

Ofomata, C. E. (2013). *Our Cultute is Our Identity.* Enugu: Format Publishers (Nig) Ltd.

Ogbalu, F. C. (1962). *Ọkọwa Okwu: Igbo – English/ English – Igbo Dictionary.* Onitsha: University Publishing Company.

Ogbalu, F. C. (1965). *Ilu Igbo – The Book of Igbo Proverbs.* Onitsha: University Publishing Company.

Ogbalu, F. C. (1973). *Okwu Ntụhị - A Book of Igbo Riddles.* Onitsha: University Publishing Company.

Ogbalu, F. C. (1974). *Junior Igbo Course (Test Book for Secondary/ High Schools).* Onitsha: University Publishing Company.

Ogbalu, F. C. (1974). *School Certificate/G.C.E Igbo.* Onitsha: University Publishing Company.

Ogbalu, F. C. (1978). *Igbo Attitude to Sex.* Onitsha: University Publishing Company.

Ogbalu, F. C. (1981). *Ndụ Ndị Igbo.* Onitsha: University Publishing Company.

Ogbonnaya, I. (1977). Ụwa Nke Ọzọ. Odenigbo. *The Journal of the Igbo Studies Association,* 2 (Pp. 39 – 41).

Ogbuagu, J. O, Anedo, A. E, Udemmadu, T. N. (2012). *Amụmamụ Ụtọasụsụ na Agụmagụ Igbo.* Enugu: Format Publishers (Nig) Ltd.

Ọkaasụsụ Igbo – Igbo Metalanguage (1975). Onitsha: The Society for Promoting Igbo Language and Culture, Nigeria.

Okafo, C. (1999). *Amamihe N'ilu Igbo.* Onitsha: Anieke Brothers Press.

Okafor, R.C. (2001). *Wisdoms of My Elders: 1001 Imezi-Owa Proverbs*. Enugu: New Generation Books.

Okafor, R.C., Osondu, S.I. (2013). *Ilu Ndị Igbo*. Enugu: Academic Publishing Company.

Okafor, R.C. (2001). *Wisdom of My Elders: 1001Imezi Owa Proverbs*. Enugu New Generation Books.

Okafor, R.C. (2004). The Igbo of Nigeria. In Okafor, R.C. (Eds), *Nigerian Peoples and Culture* (pp. 126 – 154). Enugu: New Generation Books.

Okafor, R.C., Osondu, I.S. (2013) Ilu Ndị Igbo. Enugu: Academic Publishing Company.

Okoro, A. (2007). *Popular African Proverbs.* Enugu: SAN Press Ltd.

Okoye, P. C. (2010). Some Igbo Proverbs and Rebranding Project in Nigeria. *Ojola – Obudu Journal of Languages,* 1 (pp. 64 – 71).

Okpewho, I. (1992). *African Oral Literature.* Bloomington and Indianapolis: Indiana University Press.

Okwudishu, A. U. (2010). Igbo Language Studies: Yesterday, Today and Tomorrow. *Journal of Igbo Studies,* 5 (pp. 1 – 12).

Olugbamigbe, Y. S. (2003). Four Decades in the Study of Langauges and Linguistics in Nigeria. In Ozo – Mekuri Ndimele (Ed.). A Festschrift for Kay Williamson (pp. 19 – 31). Aba: National Institute for Nigerian Languages.

Oluikpe, B. O. (1977). Actualization in Igbo Phonology: A Sampling. *Odenigbo – The Journal of the Igbo Studies Association,* 2 (pp. 19 – 31).

Oluikpe, B.O. (2004). *Thesis Writing: Its Form and Style*. Onitsha: Africana First Publishers.

Onuegbu, M. C. (2000). Nigerian Languages and Culture in the Mass Media: The Igbo Language as a Case Study. In A. Oyewole (Ed.), *Nigerian Languages in the Third*

Millenium (pp. 217 – 236). Akure: JBS Printing and Publishing Company.

Onwudufor, F. O. F. (2007). *Mmanụ E Ji Eri Okwu.* (Igbo Proverbs). Enugu: Snaap Press Nig. Ltd.

Onwudufor, F. O. F. (2012, August 19). Catholic Priest Leads Igbo Culture Crusade. *Sunday Sun Newspaper*, 7.

Onwu, A.J. (2006). *Themes and Styles in the Novels of Ofomata.* Unpublished Master's Thesis, University of Nigeria, Nsukka.

Onwuka, G. T. (2006). *Themes and Techniques in the Novels of Chinedum E. Ofomata.* Unpublished Master's Thesis, University of Nigeria, Nsukka.

Onyekwere, M. U. (2011). *Igbo Idioms*: Authorhouse Publishers.

Opata, D. U. (1994) Emenanjo and Generic Status of Igbo Wellerisms. *Nsukka Journal of the Humanities* (pp 60-68). Nsukka: Faculty of Arts, University of Nigeria.

Oraka, L. N, (1985). *Igbo Sekọndịrị Ukwu Akwụkwọ Nke Ise.* Enugu: Fourth Dimension Publishers.

Osuachalla, G.U. (2002). Critical Analysis of Ofomata's Five Novels - Anụ Gbaa Ajọ Ọsọ, Ihe Onye Metere, A Chọwa Isi Ọchụ, Dibịa Na-agwọ Otoro and Ugonna. Unpublished Mini Resarch Project Submitted to the Department of Igbo, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Osuagwu, M. I. (2006). *Ijeoma: Ọfọ Ndịigbo Na-agọ.* Nkuzi Odenigbo Achịdayọsis Katọliki Nke Owere. Owerri: Assumpta Press.

Oxford Advanced Learner's Dictionary – International Students Edition (New 8th Edition) (2010). Oxford New York: Oxford University Press.

The Complete English Language Companion (2007). Scotland: Geddes & Grosset.

The New International Webster's Comprehensive Dictionary of the English Language Encyclopedic Edition (2004). Naples Florida: International Corp.

Udemmadụ, T. (2015). Atụmatụ Okwu na Atụmatụ Agụmagụ. In Udechukwu, I., Ogbuagu, J. & Nnyigide, N. (eds) Ọmụmụ Agụmagụ na Omenaala Igbo (p.29) Enugu: Format Publishers.

Ugwu, N. C. (2011). *The Sights and Sound of the Igbo Nation.* Owerri: Mail Group Publishers.

Umeasiegbu, R.N, Ogbalu, F.C, Abazie, B. C. (1989). *Amamgịnị - Akwụkwọ Agwụgwa.* Obosi – Pacific Publishers.

Webster'S Universal Dictionary & Thesaurus. Scotland, UK; Gedes & Gross.